





Website: https://www.enyojonal.com

Vọl 3, Nọ 1, 2022

# Enyo:

**Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo**

Vọl 3, Nọ1, 2022

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Vọl 3, Nọ1, 2022

**Onyeisi Nhazi (Chiifu Editọ):**

Prọf. Thecla Ngọzị Udemmadụ

**Ndị Nhazi (Editọ):**

Dkt. Ifeyinwa Cordelia Isidịenu

Rev. Fada Dkt. Patrick Ik. Umezi

**Osote ndị Nhazi (Asọshieti Editọ)**

Dkt. Florence Uju Ibeh

Dkt. Anthonia C. Ephraim-Chukwu

Dkt. Ann Chinaza Onyekelu

Dkt. Constance Onyinye Amamgbo

# Enyo:

Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo

Ụlọ ọrụ mbipụta: Besing Books

No. 9 Wisdom Avenue, Niger State

Emma Nnaemeka Street, Awka Anambra State

TEL: 08060850177

Journal website is powered by Myrasoft Systems (www.myrasoft.ng) @ 78 Dr. Billy Okoye Boulevard GRA Awka, Anambra State, Nigeria . TEL: 08062926794, Email: myrasoftsystems@gmail.com

# Enyo:

**Jọnal otu ndị ji edemede akwalite asụsụ na omenala Igbo**

**Vọl 3, Nọ1, 2022**

## Ozi si n'aka ndị nhazi

*"Enyo Jọnal"* dịka aha ya siri dị bụ nchịkọta edemede ndị e ji agba n'anwụ, asụsụ, omenala na nsirihundụ ndị Igbo. Ọ bụ ndị na-agba mbọ ka asụsụ na omenala Igbo ghara ịnwụ na-esi na jọnal a bụ *"enyo"* edepụta edemede ha n'asụsụ Igbo kpọmkwem iji kwalite asụsụ na ụzọ ndụ ndị Igbo. Jọnal a na-anabata nchọcha ọbụla e demara edema, hazie nke ọma ma bụrụ ọkpọkọpị nke odee.

Odee ọbụla nwere mmasị nwere ike ime nchọcha n'isiokwu ọbụla metụtara asụsụ, omenala, agụmagụ, akụkọala, nsirihundụ, ekpemekpe, ọchịchị obodo, sayensị asụsụ, na ihe ọbụla metụtara ndụ mmadụ.

Ọ bụ asụsụ Igbo ka e ji ede edemede na jọnal a maka inye aka welitekwue ọnụọgụ edemede e ji asụsụ Igbo dee.

Ziga edemede gị na ọwa ududo:theclaudemmadu@yahoo.com , tn.udemmadu@unizik.edu.ng. ic.isidienu@unizik.edu.ng

**maọbụ ị kpọọ n'ekwentị 08033027892, 07038296805**

**Onyeisi Nhazi (Chiifu Editọ):**

Prọf. Thecla Ngọzị Udemmadụ

Ndị Nhazi (Editọ)

Dkt. Ifeyinwa Cordelia Isidịenu

Rev. Fada Dkt. Patrick Ik. Umezi

## Ndị ndụmọdụ pụrụ iche

**Prọf. Benjamin Mmadike**
Ngalaba Lingwistiks
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Prọf. Nkechinyere Nwokoye**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Prọf. Ikechukwu Okodo**
Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Prọf. Cecilia Eme**
Ngalaba Lingwistiks
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Prọf. Tracie Utoh-Ezeajugh**
NgalabaTheatre na Film Studies
Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

**Prọf. Boniface Mbah**
Ngalaba Lingwistiks, Igbo na Asụsụ Naịjirịa ndị ọzọ
Mahadum Naịjirịa, Nsụka

**NDỊNA**

**IKE ỌNATARACHI DỊ N'IME ỤMỤ NWAANYỊ: NZIPỤTA YA N'AGỤMAGỤ NDỊ HỌỌRỌ. 1 - 12**
Chisom Nneamaka Okafor
Nkechinyere Anthonia Nwokoye

**AMAGHỊ ASỤ NA AMAGHỊ EDE ASỤSỤ IGBO: ETU Ọ DỊ NA MAHADUM NNAMDỊ AZIKIWE, ỌKA. 13 - 23**
Ọlụọma Onyinyechi Amụtaigwe
Florence Uju Ibeh

**MWEPỤ N'OLU ỌKA N'USORO ỤTỌASỤSỤ NNWOGHARỊ. 24-35**
Chiamaka Helen Akabogu
Christian E. C. Ogwudile (PhD)

**NTULEKỌRỊTA ỌDỊDỊỤDAASỤSỤ BEKEE NA NKE OLUNDỊỌNỊCHA IGBO: NSOGBU NYERE ONYE NA-AMỤBEKEE DỊ KA ASỤSỤ NKE ABỤỌ . 36 - 44**
Onwudiwe, AnnastasiaNwanneka
Christian E. C. Ogwudile

**MYIWERE: ỌGBATAUHIE NYE ỌMỤMỤ ASỤSỤ IGBO DỊKA ASỤSỤ NKE ABỤỌ. 45 - 55**
Chidimma E. Mgbemena
Chinweude Ugochukwu

**NNYOCHA OKWU AKPỌMAKPỌ MAKA NDỊ EZINAỤLỌ N'Ọ̀BÀ**
Augustina Ekwy Ezemọka**56 -71**
Thecla Ngọzị Udemmadụ

**AFA: NGWA ỌRỤ ỊCHỌPỤTA IHE DARA MMIRI NA NDỤ NDỊ IGBO**
Ifeyinwa Cordelia Isidienu **72 - 82**
Chisom Lawrence Obigwe

**NSIRIHỤ NA MPỤTARA AHA ANỤMANỤ ỤFỌDỤ NA NGHỌTA NDỊ IGBO . 83 - 93**
Onyinye Constance Amamgbo
Uju Florence Ibeh

**NWAANYỊ ỊZỤLITE NWA NAANỊ YA: NZIPỤTA YA N'AGỤMAGỤ IGBO A HỌỌRỌ. 94 -110**
Chisom Nneamaka Okafor
Nkechinyere Anthonia Nwokoye

# IKE ỌNATARACHI DỊ N'IME ỤMỤ NWAANYỊ: NZIPỤTA YA N'AGỤMAGỤ NDỊ A HỌỌRỌ

**CHISOM NNEAMAKA OKAFOR**

**Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University**

**Igbariam Campus**

**Anambra State**

**&**

**NKECHINYERE ANTHONIA NWOKOYE**

**Nnamdi Azikiwe University, Awka**

## Ụmịedemede

Ọtụtụ ezinaụlọ nọ n'ọgba aghara taa n'ihi na ụmụ nwaanyị nọ n'ezinaụlọ ndị ahụ leghaara ike dị ha n'ime anya ebe ụfọdụ nọ n'ọnọdụ dị otu a n'ihi na o nweghị onye hụtara ike na uru nwaanyị bara n'ezinaụlọ ahụ. Onye ọbụla tụkwasara obi na ọ bụ nna nọ n'ezinaụlọ bụ onye kachasị. Nke a mere e ji họrọ isiokwu a, ka e wee kọwaara ụmụ nwaanyị na ha nwere ike zoro ezo n'ime ha. A chọkwara iji edemede a kwalite mmụọ ụmụ nwaanyị ma mee ka ike a zoro ezo n'ime ha pụta ihe ka ha ghara iche mgbe ihe ike mere ha. N'ihi nke a, a gbasoro usoro nkọwa wee tụchaa nchọcha a. E ji atụtụ mọdarizim mee nchọcha a. Atụtụ a na-ekwu na n'agbanyeghị mmekpa ahụ na akpọmasị ụmụ nwaanyị na-enweta n'aka ụmụ nwoke, ịhụnanya dị ha n'ime na-eme ka ha leghara mmekpa àhụ ndị a anya, mee ihe ziri ezi ọ kachasị n'ebe ezinaụlọ ha nọ. Ngwa ọrụ edemede a bụ agụmagụ ndị gbadoro ụkwụ n'isiokwu a. Ha bụ, *Adaeze* na *ụwa bụ nke Onye*. Agụmagụ abụọ a bụ iduuazị. A chọpụtara na nwaanyị nwere ike pụrụ iche dị ya n'ime nke na-apụtakarị ihe mgbe ihe ike mere ya. Ọ na-agba mbọ mee ihe ọbụla o nwere ike ime ka ezinaụlọ ya ghara ịda. E bu n'obi na edemede a ga-enye aka mee ka ụmụ nwaanyị mara na o nwere ike zoro ezo dị n'ime ha nke mere na otu ọbụla o sila dị, ụmụ nwaanyị na-akwụdo hụ na ezinaụlọ ha adaghị. A tụrụ alo ka ụmụ nwaanyị mara na nzọpụta ezinaụlọ ha dị ha n'aka n'ihi nke a, ụmụ nwaanyị kwesịrị ileghara nleda anya a na-eleda ha, na omume 'ọ gbasaghị m' ndị di ha na-eme mgbe ụfọdụ, mee ihe ga-enye aka kwalite ezinaụlọ ha.

**Mmalite**

N'ala Igbo, oge gboo, ezinaụlọ ọbụla enweghị nwa nwoke anaghị anọ n'udo. Ụmụ nwoke ụfọdụ na-eji maka amụtaghị nwa nwoke lụọ ọtụtụ nwaanyị ka ha wee mụta nwa nwoke. ụfọdụ anaghị ekwe eziga ụmụ ha ụlọ akwụkwọ maọbụ meere ha ihe ọbụla ha rịọrọ ka e meere ha n'ihi na ha bụ ụmụ nwaanyị. Omume ụmụ nwoke a na-apụtakwa ihe n'ịzụ ụmụ ha. Ha na-aka akpachapụrụ ụmụ ha ndị nwoke anya karịa ụmụ ha ndị nwaanyị. ụmụ nwaanyị a mụrụ n'ụdị ezinaụlọ a na-anọ na mwute oge ọbụla n'ihi na ọ ga-adị ha ka a gụpụrụ ha agụpụ. ọnọdụ a mere ka ụmụ nwaanyị ụfọdụ na-ahụta onwe ha ka ndị enweghị uru ha bara. Nke a bụ n'ihi na a mụnyere ha n'ezinaụlọ enweghị ihe ha ji nwa nwaanyị kpọrọ. ụmụ nwoke a mụnyere n'ezinaụlọ dị otu a enweghịkwa ihe ha ji nwaanyị kpọrọ n'ihi na e bidoro na nwata gwawa ha na ha ka nwa nwaanyị baa uru.

N'oge ugbua, ọ dịghịzị otu a. Ụmụ nwaanyị ejirila aka ha zọpụta onwe ha. ọ bụ eziokwu na ha ka na-alụ ọgụ inwere onwe ha, mana, ọ dịghịzị otu ọ dị na mbụ. ụmụ nwaanyị na-emezị ihe a tụghị anya na ha ga-emenwu ugbua. ụmụ nwoke ụfọdụ, ndị mụrụ naanị nwaanyị, anaghịkwa achọ ịlụ nwaanyị ọzọ ga-amụtara ha nwa nwoke n'ihi na o doola anya na nwa nwaanyị ga-emenwu ihe nwa nwoke ga-emenwu.

N'ọtụtụ ezinaụlọ taa, ọ bụ nwaanyị nọ n'ezinaụlọ ahụ na-akpata ihe ezinaụlọ ya na-eri. ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-eme otu a n'ihi na di ha anaghị akpatara ezinaụlọ ya ihe ha ga-eri ebe ụfọdụ bụ n'ihi na di ha anwụọla. ụfọdụ n'ime ha ka di ha dị ndụ, na-ewetakwa ihe ezinaụlọ ya na-eri mana n'ihi na ọ na-agụ ya agụụ inwe nke ya, o bilie, chọọ ihe ọ ga na-arụ wee na-akpata ego. A gagharịa n'ime ahịa dị n'ọtụtụ obodo taa, a ga-ahụ ụmụ nwaanyị yi akwa mkpe ha nọrọ n'ọdụ ahịa ha, na-ere ahịa. ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị ndị a bụ ndị di ha na-emere ha ihe niile ha chọrọ mgbe di ha nọ ndụ. Ugbua di ha anwụọla, kedụ ebe ha si nweta ike ha ji bido ibu ibu ezinaụlọ? O nwere ike ọ bụrụ na ụmụ ya dị ise maọbụ asaa, kedụ ka ọ ga-esi zụọ ha niile? ọ na-akacha njọ ebe ụmụnne di enweghị ihe ha nyere nwaanyị di ya nwụrụ nke ha ji akpọrọ ụmụ ya zụọrọ ya. N'ọnọdụ dị otu a, naanị onye nwaanyị ahụ nwere bụ onwe ya na ụmụ ya.

Edemede a ga-eleba ịchọpụta otu nwaanyị di ya na-emere ihe ọbụla ọ chọrọ tupu ọ nwụọ, nwaanyị enweghị ihe ọ na-arụbu tupu di ya anwụọ, nwaanyị arụnubeghị ọrụ na ndụ ya, si nweta ike na amamihe o ji bido ahịa, si na ya baa ọgaranya. ọ bụghị naanị nwaanyị di ya nwụrụ na-eme ụdị omume a. ụfọdụ ụmụ nwaanyị, ndị na-akpata ihe ezinaụlọ ha na-eri n'ihi na di ha anaghị enye ha, so na ndị kpaliri edemede a. Edemede a bụ iji gosi na ka nwaanyị ahana, ịhụnanya o nwere n'ebe ezinaụlọ ya nọ na-eme ka o mee ihe ahụ e che na ọ gaghị emenwu.

**Ntụleghari agụmagụ**

Agụmagụ bụ edemede e chemiri uche n'ime wee dee. A naghị ede ya ka o wee bụrụ na mmadụ chọrọ ide ihe kama a na-ede ya buru n'obi na o nwere ihe a chọrọ ikuziri ndị ga-agụ ya. Ezikeojịakụ (2001:40) kwuru na agụmagụ adịghị n'efu. ọ bụ ọrụ ekereuche nke nwere ihe mmụta gbasa omenala wubere ya. Agụmagụ ọbụla nwere ihe ọ na-akụziri onye na-agụ ya gbasara ntọala agụmagụ ahụ. Agụmagụ Igbo ga-akụziri ọgụụ ihe gbasara ndụ na nhụrụụwa ndị Igbo. Nke a pụtara na agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ebimndụ ndị nwe agụmagụ ahụ. ọ na-ezipụtakwa ihe na-eme na ndụ, ihe mere na ndụ na ihe nwere ike ime na ndụ. N'ihi nke a, edemede a lebara anya n'agụmagụ ụfọdụ gbadoro ụkwụ n'ụzọ dị iche iche ụmụ nwaanyị si ezipụta ike dị ha n'ime.

Nwadike (1998) na Nsolibe (2018) zipụtara nwaanyị dịka ndị siri ike ma n'anụ ahụ ma na mkpụrụobi. A tụlee ndụ ụmụ nwaanyị na ụmụ nwoke a ga-achọpụta na ụmụ nwaanyị ka sie ike n'ihe niile. E nwere ike sị na ọ bụ naani mgbe a na-achụ ego ka nwoke na-apụta kwụrụ sị na ọ bụ ya kwesịrị ịchụta ego maọbụ n'ike ọkpụkpụ aka ka nwoke si egosi ike nke ya. Ma e lee anya n'ihe na-eme n'ụwa taa, a ga-ahụ na ego ahụ ụmụ nwoke na-ekwu na ọ bụ ọrụ ha kpọm kwem, ụmụ nwaanyị na-akpatazi ego ahụ karịa ha. N'edemede a, e lebara anya n'agụmagụ dị iche iche iji chọpụta otu ụmụ nwaanyị si ezipụta ike zoro ezo dị ha n'ime ka ezinaụlọ ha wee kwụsie ike. A chọpụtara na n'agbanyeghị na ọ bụ nwoke bụ isi, ọ bụrụ na nwaanyị akwụdosighị ike buru isi, ezinaụlọ aghasaa. Mgbe di na nwunye nwere nsogbu n'ezinaụlọ ha, nwunye na-agba mbọ hụ na o gbochiri ụmụ ha ịma ihe na-eme n'ezinaụlọ ha. ọ ga na-ekpuchi, na-achịkwa ụmụ ya, na-enye ha ihe ọbụla ha chọrọ ma ọ bụrụ na ọ na-akpata ego nke ya, ka ezinaụlọ ya ghara ịda.

Ihe ọbụla a na-eme n'ụwa taa gbadoro ụkwụ n'onye bụ nwoke na onye bụ nwaanyị. ụmụ nwoke bụ ndị a na-eche na ọ bụ ha bụ isi n'ihe niile. N'ezinaụlọ ụfọdụ taa, ụfọdụ ụmụ nwoke anaghị ekwe nwunye ha rụọ ọrụ ga-enye ha ego. Ha kwenyere na ọrụ nwaanyị bụ ịnọ n'ụlọ ledo ụmụaka anya, sie nri, zachaa ezi na ime ụlọ ma rahụọ ụra. N'ebe a, a ga-eleba anya n'ihe odee ndị ọzọ dere maka isiokwu. Richter na Kotowska (2000:24) hụtara ezigbo nne/nwaanyị dịka onye a tụrụ anya na ihe na-akpali ya bụ ihe ga-abara nwa ya uru. Nke a pụtara na nne anaghị eche maka onwe ya kama ihe na-echu ya ụra bụ ọdịmma ụmụ ya. O kwenyere na ụmụ ya daa, ya onwe ya adaala. ọ gakwara n'ihu kọwaa na ịbụrụ nwatakịrị nne a nụchara anụcha pụtara ịgbado uche n'ebe nwatakịrị ahụ nọ na iwepụtara nwatakịrị ezigbo oge, ego na ike nke ga-abara nwatakịrị ahụ uru dịka onye nne ya ji ihe nke na-amasị ya chụọrọ aja.

Nke a apụtaghị na ndị bụ nna enweghị aja ha na-achụ maka ọdịmma ụmụ ha kama ihe nna na-etinye n'ezinaụlọ erughi aja nne na-achụ. ọ bụrụgodu na nne anaghị arụ ọrụ a na-akwụ ya ụgwọ, o kwesịrị ka a na-akwụ ya ụgwọ maka idozi ụlọ, isi nri, na ichedo ụmụaka n'ihi na di na nwunye kpebie ka a chọta onye ga na-arụ ọrụ ndị a, a ga-akwụ onye ahụ ụgwọ. ọtụtụ ụmụ nwaanyị na-akpata akụ ezinaụlọ ha na-eri n'ihi na o nwere ike, di ha ejighịzị ego ka o si jide na mbụ. N'ezinaụlọ di otu a, nwoke maara ihe maara na ọ ga-eweghara ịrụ ọrụ ezinaụlọ iji nyere nwunye ya aka ruo oge ya onwe ya ga-enweta ọrụ nke ya. Mana oge ụfọdụ, nghọtahie na-abata.

Sundell (2020:6) kwuru na ihe ya atụghị anya ya bụ na di ya agaghị enweta ọrụ gboo, iwe wee bata n'ime ha abụọ. ọ na-agbakasị ya ahụ ma ya bata ọrụ ọ bụrụ na e dozighị ụlọ edozi. Iwe na-ewe ya onwe ya na ya ahụghị ụdị mbọ ọ na-agba inweta ọrụ. Na ya na-atajiri di ya anya na o nwere oge nke aka ya nke bụ ihe ya onwe ya enweghị.

Nke a bụ ndụ nwaanyị na-akpata akụ ezinaụlọ ya na-eri. N'ọnọdụ a, nwoke ga-ahụ na ichekwa ezinaụlọ adịghị mfe. ụfọdụ ụmụ nwoke na-ahụta ọnọdụ a ka imekpa ahụ. Synder (2019:20) sị na o nwere ụfọdụ ụmụ nwoke ndị na-ahụta ọdịmma nwunye ha ka ibuli ha onwe ha elu. ụdị agwa a na-ebuli mmụọ ụmụ nwaanyị ụfọdụ dị otu a.

Ọtụtụ ọge, a na-ahụta ụmụ nwaanyị dịka ndị ike adịghị. Nke a apụtaghị na ụmụ nwaanyị niile nọ n'ụwa siri ike kama ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị nọ n'ụwa taa siri ike. Ha siri ike site n'ụdị ọrụ ha na-arụ na ụdị ihe ha hụgorola na ndụ ha. ụfọdụ n'ime ha na-arụ ọrụ e chere na ọ bụ naanị ụmụ nwoke nwere ike ịrụ ọrụ dị otu ahụ. Ụfọdụ ọrụ ndị a bụ, ịkpụ isi, ịbụ injinia, ịnya ụgbọala, ịnya ụgbọelu, ọrụ dibịa Bekee, ịzụ ahịa anụ, ịnọ n'elu nnukwu ụgbọala wee gaa obodo tere aka ịzụta ahịa ha ga-ere nakwa ịga n'ọnwa. ọrụ dị otu a abụghị obi fecha fecha ka e ji arụ ha. Nke a mere na ọtụtụ ụmụ nwaanyị ugbua ji obi dike wee na-achịkwa ezinaụlọ ha. Sindell na Sindell (2015:50) sị ma mmadụ ịhụta onwe ya n'ọnọdụ ga-akwanye ya ịdabere na mperi o riri pụtara ihe ndị ahụ anaghị akpali mmụọ mmadụ, ga-eme ka ọ hịa onye ahụ ezigbo ahụ ime ihe ndị ọ chọrọ ime nke ọma. Onye ahụ ekwesịghị ịnọ ebe ga-eme ka ọ dabere na mperi o riri.

Ọtụtụ oge, a na-agwa ụmụ nwaanyị ihe ha nwere ike imenwu na nke ha enweghị ike imenwu, na-ebutere ụmụ nwaanyị ịda mba na mmụọ. N'ọnọdụ dị otu a, ụmụ nwaanyị dị otu a ga na-ahụta naanị mperi ha riri, leghara ike dị ha n'ime anya. Ọ bụ ọnọdụ dị otu a, ka edemede a ga-agba mbọ ịgba n'anwụ; ịkọwara ụmụ nwaanyị na o nwere ike dị ha n'ime. Ụfọdụ oge, nwaanyị nwere ike mara na o nwere ihe dị n'ime mmụọ ya ọ chọrọ ka ọ pụta ihe.

Sundell na Sundell (2015: 60) gara n'ihu kwuo na ime ka ike zoro ezo dị n'ime mmadụ pụta ihe, doro anya. Onye ọbụla ga-emenwu ya. Na mbụ, onye ahụ ga-achọpụta onyinye ọnatarachi ya ọ kacha eme nke ọma. Nke abụọ, ọ ga-achọpụta onyinye nke ọ chọrọ ka ọ pụta ihe. Nke atọ, site na nnagide na ịgbadosi anya ike, onye ahụ ga-amalite tinyebe uchu n'onyinye ndị ahụ. Ihe ndị a ga-eme ka ike zoro ezo dị n'ime mmadụ pụta ihe.

Nke a bụ ndụmọdụ ha nyere maka mmadụ inyere onwe ya aka ịmata ihe dị ya n'ime. Ihe so ebutu ọtụtụ mmadụ n'ụwa taa, bụ mmadụ ikweta n'ihe onye ọzọ gwara ya maka onwe ya n'ekwenyeghị na nke ọ gwara onwe ya. Ọ bụ nke a bụ nsogbu ọtụtụ ụmụ nwaanyị taa. A gwala ha na o nweghị ihe ha dị mma ya, ha wee buru ya n'uche ruo mgbe onye ahụ na-emeburu ha ihe ha chọrọ anọghịzị, mgbe ahụ ka ha ga-amata na ha ga-emenwu ihe ahụ. Edemede a bu n'obi inyere ụmụ nwaanyị aka chezọọ ihe onye ọzọ gwara ha maka onwe ha ma tụkwasị obi na nke mmụọ ha gwara ha.

Agụmagụ ndị a tulegharịrị gbadoro ụkwụ n'inyere mmadụ aka chọpụta ike o nwere n'onwe ya site n'ileghara ihe onye ọzọ gwara ya anya, ma tụkwasa obi n'ihe ndị ahụ ọ na-emekarịcha nke ọma. Edemede ndị ahụ a tụlegharịrị arụtụghị aka n'ịchọpụta otu ụmụ nwaanyị di ha

nwụrụ si enweta ike ha ji ebu ibu ezinaụlọ mgbe di ha nwụrụ. Ọ bụ nke a kpatara edemede a ji lebaa anya ịchọpụta ka ụmụ nwaanyị ndị di ha nwụrụ si ebunwu ibu ezinaụlọ.

E ji atụtụ mọdarizim mee nchọcha a**.** Atụtụ a bụ nke e wepụtara iji nọchi anya feminizim na mba Afrịka. Onye nọ n'isi ya bụ nwaafọ Naịjirịa aha ya bụ Catherine Acholonu. O wepụtara atụtụ a n'afọ 1995. Nwaanyị a kọwara na atụtụ feminizim nke Alice Walker wepụtara enweghị ka o si bụrụ maka ndị isi ojii. N'ihi nke a ka o ji tụpụta atụtụ mọdarizim. Acholonu sị na ihe anọ atụtụ a nwere nke atụtụ feminizim enweghị bụ ịhụnanya, ọrụ, nnagide na nghọta n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ gbara mkpọrọgwụ n'ọnọdụ ịbụ nne nke bụ otu n'ime ihe dị ọkpụrụkpụ e ji mara mba Afrịka. Otiono (2014:77) sị na mọdarizim si na nghọta mmadụ gbasara feminizim. Ọ bụ nchawapụ na mmụpụta ihe mebere nwaanyị. Ọ na-edebe ịhụnanya n'etiti ihe niile. Ọ nabataghị okwu ọjọọ n'ụdị ọbụla dịka ịsị na ụmụ nwoke dị njọ. Mọdarizim gbanyere mkpọrọgwụ na nkwenye na ịkpọ asị so n'otu ihe na-eme ka e merie mmadụ mana ịhụnanya bụ nke na-enye mmadụ mmeri. Otiono (2014:78) gara n'ihu kwuo na mọdarizim kwenyere na ịhụnanya jupụtara n'ụwa n'agbanyeghị na akpọmasị dị n'ụwa. N'agbanyeghị nke a, ịhụnanya ga-emeri akpọmasị. Ebe ọ bụ na ihe na-edu atụtụ a bụ ịhụnanya, ọrụ, nnagide na ezi mmekọrịta, a ga-ahụ ka ụmụ nwaanyị niile a kpọrọ aha n'edemede a si nwezuchaa ha.

### Ike ọnatarachi

Onye ọbụla Chukwu kere nwere ihe ndị o debeere ya ọ ga-emenwu na nke ọ gaghị emenwu. N'ụwa taa, ndị mmadụ na-agwazị ibe ha ihe ha agaghị emenwu na nke ha ga-emenwu. Na ndụ ụmụ nwaanyị, di ha, nna ha ma ọ bụ ụmụnna ha na-agwa ha ihe ha ga-emenwu na nke ha agaghị emenwu. Mgbe ihe ike mere nwaanyị a gwara ụdị okwu a, ọ hụ onwe ya ebe ọ na-eme ihe ahụ o che na ọ gaghị emenwu n'ihi na o doola ya anya na ọ bụ ya ga-azọ onwe ya. Nke a gosiri na ọ bụ ajọ ọnọdụ na-eme ka ike dị nwaanyị n'ime, nke ọ maghị na o nwere, pụta ihe.

Omware (2019: 10) dere na mmadụ agaghị agbara nsogbu ya, ihe mgbawa obi ya na ihe mwute ya ọsọ. Ihe mgbu niile ahụ kwesịrị ịbụ ihe ga-akpali ya ịmata ebe ike ọnatarachi ya zoro ezo dị. Ọ bụ ya kpatara o ji nwee ụdị nsogbu o nwere. Nke bụ eziokwu bụ na, ọ bụ ihe ahụ ndị mmadụ na-asị na ọ bụ ya bụ mperi mmadụ riri, bụ ihe a ga-eji bulie onye ahụ elu na ndụ**.**

Ihe nke a pụtara bụ na ike a dịbu adị n'ime nwaanyị, ma ọ maghị. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị enweghị ihe ha na-emenwu ma ọ bụrụ na a gwaghị ha na ha ga-emenwu ihe ahụ. Ụfọdụ na-amalite ịhụta ike dị ha n'ime mgbe onye na-emeburu ha ihe ahụ emeghịzị ya. Ihe ndị a bụ mkpụrụ a kụnyere na ndụ nwaanyị nke na-eme ya ka ọ na-ahụta onwe ya ka onye ume ngwụ. Brewerton (2019:30) mere ka a mata na n'ezie, ọ bụrụ na otu onye maọbụ mmadụ abụọ agwaghị mmadụ, onye o doro onye ọbụla anya, na o nwere ihe ọ na-emetakarịcha nke ọma, onye ahụ agaghị ama na ọ na-eme ihe ahụ nke ọma. Ihe ndị a bụ ike zoro; ihe ndị mmadụ amaghị na ọ ga-emenwu maọbụ ihe mmadụ amaghị na o nwere ike imenwu.

Ụwa a a nọ na ya taa, mere ka ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-ebi ndụ 'meere m'. Ọ bụrụ na e nyere ụmụ nwaanyị ohere kamgbe, mee ha ka ha mara na ha ga-emenwu ihe ọbụla ha chọrọ ime, oge ha chọrọ ime ya na otu ha si chọọ ime ya, ụwa kaara ịdịtụ mma taa. Ọ bụ ike dị otu a ka a ga-elebara anya na ndụ ụmụ nwaanyị ndị dị n'agụmagụ ndị a họọrọ.

**Nzipụta ike ọnatarachi dị n'ime ụmụ nwaanyị n’agụmagụ ndị a họọrọ**

N’ebe a, a ga-eleba anya n’ụzọ dị ọkpụrụkpụ ụmụ nwaanyi si ezipụta ike dị ha n’ime n'ịchịkwa ezinaụlọ ha. Ụzọ ndị a bụ, nwaanyị dịka nne, ọnọdụ ajadu na nwaanyị dịka onye nzụlite nwa.

**i. Nwaanyị dịka nne**

A ga-asị na ịmụ nwa bụ otu n’ime ihe Chineke kere nwaanyị ka ọ na-eme kpọm kwem, mana ọ dị mkpa ịkọwapụta na ọ bụ ike mkpụrụ obi na anụ ahụ ka e ji amụ nwa. Shuaru (2020:20) sị na ọ bụrụ na e nwere ebe e depụtara ihe mebere nwaanyị, ịbụ nne ga-abụ nke kachasị mkpa. Ọ bụ ya mere na, na mba Afrịka niile, nwaanyị nwere ụmụ bụ nwaanyị tozuru etozu. N’uche nwaanyị Afrịka ọbụla, ịbụ nwaanyị ebighị naanị n’alụmdi, a tụrụ anya na nwaanyị ga-atụ ime mụọ nwa. Nke a ga-eme ka ọ gabiga na mgbu afọ ime a tụrụ anya na ọ ga-agabiga tupu o tozuo na nwaanyị. Mgbe nwaanyị a lụbatara tụrụ ime, mụọ nwa, ọ na-ebute ọṅụ tọrọ atọ. Ịmụ nwa abụghị ọrụ nwoke ga-eji obi nwoke rụọ. Ọ bụ eziokwu na a na-elegara ụmụ nwaanyị anya dịka ndị ike adịghị, mana nwaanyị chinwuru nwa, mụpụta ya, siri ezigbo ike n’ihi na mgbu so afọ ime abụghị ihe e nwere ike ịkọrọ mmadụ. Ọ bụ nke a mere Ben-Nun (2015:50) ji sị na ịmụ nwa bụ otu n’ime ihe gbukarịchara mgbu nwaanyị ga-agabiga. Akwụkwọ nsọ rụtụrụ mgbu afọ ime aka na Jenesis 3:16, sị, ‘na mgbu ka ị ga-amụ ụmụ’. Otu ọbụla ọ sọrọ nwoke sie ike, mgbu afọ ime bụ otu ihe ọ gaghị ebunwu. Afọ ime bụ otu usoro ntobiga nwaanyị na-agabiga. Ibu afọ ime, ịmụ nwa na ịzụ nwa bụ n’isi nne nọ n’ezinaụlọ ka ọ dị. Shuaru (2020:30) gara n’ihu dee na mmekọrịta nne na nwata mgbe nwata na-eto eto na-eso achịkwa agwa ya. Nchekwa ezinaụlọ dị nne n’aka. Ọ bụ nne bụ onye nkuzi mbụ nwata nwere. Ọ bụ n’aka nne ka nwata si amụta iwu na-achị ndụ. N’ihi na nne na-anọ nwata nso, ọ ga-achọpụta ọnatarachi nwata ahụ nwere n’oge ma nye aka gbazie ya ka ọ pụta ihe n’ihi na nke a ga-enye aka n’ịhazi ụdị mmadụ nwata ahụ ga-abụ.

Nke a bụ otu n’ime ọrụ dị mkpa nne na-arụ n’ezinaụlọ. Ịmụta nwa ebighi na ịtụrụ ime, ọrụ kacha mkpa na ndụ nwata na-amalite mgbe a mụpụtarala nwa ahụ. Ịzụlite nwata bụ ọrụ chọrọ obi gbasiri ike n’ihi na ọ bụ oge ahụ ka e ji anapụ nwaanyị mụrụ nwa ọhụụ ụra na ezumike. Nwaanyị obi esighị ike nwere ike leghara ọrụ ya anya ma nwaanyị nwere obi dike ga-echeta na ọ bụ oge ahụ ka nwata ahụ chọrọ nlekwa, nke a ga-eme ka nwaanyị hapụ ma chezọọ ihe ọbụla na-akpa ya, gbaa mbọ hụ na ọ na-anọ n’akụkụ nwata ahụ oge ọbụla. Ọ bụrụ na e leghara nwata anya n’oge a o pere mpe, ezinaụlọ ya na obodo ọ nọ na ya ga-ata ezigbo ahụhụ. Mgbe nwaanyị mụtara nwa, taa ahụhụ zụọ ma lekwaa nwa ahụ, ọ na-abara ezinaụlọ mụrụ ya na obodo o si na ya uru. Nke a pụtara ihe n’*Adaeze*. Adaeze bụ isi agwa n’akwụkwọ ahụ. Ọ bụ nwata nna ya sị na ọ gaghị agụ akwụkwọ n’ihi na ọ bụ nwaanyị, nna ya anaghịkwa eweta ego nri nke o ji elekwa ya na ụmụnne ya anya, naani ihe ọ maara bụ ịṅụ mmanya. Nne Adaeze hụrụ ka omume di ya dị ma mara na ọ gbachi ya nkịtị, ezinaụlọ ya anọrọ na nsogbu, o wee malite buwe ibu ezinaụlọ ya. Nwadike (1998:13) dere,

> Ebe Uchechukwu hapụrụ ịrụ ọrụ dịịrị ya ka ezigbo di na ezigbo nna, Ụzụmma ahapụghị imejupụta ọrụ ndị ahụ, n’onwe ya. Dịka nwaanyị gbasiri ike ọrụ, dịkwa uchu n’ịzụ ahịa, o nyeghị ụmụ ya ohere ka ha chewe maka ọnọdụ ha na nna ha. Uwe, akwa, akpụkpọ ụkwụ na ụmụ ihe ndị ọzọ dị ha mkpa o nweghị nke ọ na-ekwe ka ọ kọọ ha.

Omume nne Adaeze gosiri na ọ bụ nwaanyị ka ọ dịịrị ịkwụdosi ike mgbe nwoke gbahapụrụ ọrụ ya ka ezinaụalọ wee kwụrụ. Ọ bụ eziokwu na ọ dịghị mfe ime otu a ma ọ bụ ọnọdụ dị otu a ka ụmụ nwaanyị ji ezipụta ike zoro ezo dị ha n'ime. Nne Adaeze gbara mbọ hụ na o nyere ụmụ ya ihe niile ha ga-eji bie ezi ndụ, nye ha nri ma zụọ Adaeze n'ụlọ akwụkwọ ọ bụlagodu mgbe di ya sị ka Adaeze ga lụọ di n'ihi na ọ baghị uru ịzụ nwaanyị n'akwụkwọ. Adaeze mechara bụrụ nwata nwaanyị ji ndụ ya chụọrọ Chukwu aja. Ndị ụka chie ya sista, ọ bụrụ nnukwu mmadụ a ma ama n'obodo. Ọ rụọrọ nne ya ụlọ elu ma nye aka zụpụta ụmụnne ya ndị nwoke abụọ n'ụlọakwụkwọ. Ọ bụrụ na nne ya agbadoghị ụkwụ n'ala zụọ nwa ya, Adaeze gaara ala n'iyi. Nwaanyị, dịka nne nọ n'ezinaụlọ bụ onyeisi nlekwa ahụike ezinaụlọ ya. Ahụ ike onye ọbụla nọ be ya, nwa a mụrụ ọhụụ, onye ntororbịa, na okenye, na-echu ya ụra. Ọ na-ahazi ihe niile gbasara be ya n'ụdị na onye ọbụla nọ na ya na-enweta nri na ezumike zuuru ya. Ọ na-eme ka be ya bụrụ ebe onye ọbụla nọ na ya na-enweta ezumike. Nne bụ onye onye ọbụla nọ n'ezinaụlọ na-agbakwu ma o nwee ihe ha chọrọ.

**ii. Nwaanyi dịka onye nhazi akụnaụba azinaụlọ na onye na-akpata akụ**

Na nwoke bara ọgaranya bụ na ọ lụtara nwaanyị anaghị eme oke mmefu. Ụmụ nwaanyi ụfọdụ na-ahụta alụmdi dịka akụ a kpatara akpata. Ụmụ nwaanyị dị otu a enweghị ihe ọzọ ha maara ma e wepụ imefu akụ di ha. Ma ụmụ nwaanyị ndị maara na ọ bụ akụ ka a ga-eji zụọ ụmụ ha mụtara, maara na ha kwesịrị inye aka chekwaa akụ di ha site n'ibelata ịzụta ihe ọbụla abaghị uru. Ọ bụrụ ezinaụlọ nna nọ na ya enweghị akụ, nwunye ya ga-amata na ọ bụ ọrụ ya ịhazi ma zụọ obere akụ di ya nwere. Ọ bụrụ na di ya enweghị chaa, ọ malite kpatawa akụ ka ezinaụlọ ya ghara ịda. Nne Adaeze ghọtara nke a wee malite ibu ezinaụlọ ya ka ọ ghara ịda. N'ịkwado echiche a, Nwadike (1975:27) dere;

> Dịka onye gbasiri ike ọrụ, e nweghị nwaanyi ibe ya n'ogbe ha na-eṅe ya ụkwụ n'isi n'ebe ọrụ ubi dị. Ị baa n'ugbo akpụ ya, ị gaghị ama ebe i siri banye na ebe ị ga-esi apụ. Ji, ede, akịdị, ọka na akwụkwọ nri dị iche iche na-abụ asụrụ.

Nke a gosiri oke ịgba mbọ nwunye Uchechukwu n'ihi na di ya anaghị arụ ọrụ o kwesịrị ịrụ dịka onyeisi ezinaụlọ. Ụzụmma ghọtara na ọ gbachi nkịtị, agụụ egbuo ụmụ ya. Nwadike (1975:27) gakwara n'ihu si:

> N'ịzụ ahịa, Ụzụmma so na ndị na-agba ahịa Ugwu ebe ọ na-aga ebute agwa, egusi, yabasị na azụ mangala n'akpa n'akpa. Mgbe ike adịghị ya ije ahịa, ya ezie ndị ahịa ya ka ha bụdatara ya ngwa ahịa ndị ọ chọrọ. N'agbanyeghị na ọ na-agba ahịa, ọ nakwa eghe akara na kpọfụ kpọfụ.

E lee anya na nkọwa a, a ga-ahụ na Ụzụmma, nwunye Uchechukwu, siri ezigbo ike na nwaanyị. N'ala Igbo, ndị a ma ama na-agba ahịa Ugwu bụ ụmụ nwoke. Nke bụ n'ihi na isi ala Igbo gawa Ugwu ga-ewe onye na-eme njem ahụ otu abalị n'ụzọ ma ọ bụrụ na obodo Ugwu nke ọ na-aga dị na mpụta mana ọ bụrụ obodo ndị dị n'ime, o nwere ike iwezu abali abụọ n'ụzọ tupu onye ahụ eruo ebe ọ na-aga. N'ihi nke a, a hụtara ụdị ahịa a dịka ahịa naanị ụmụ nwoke ga-emenwu. N'agbanyeghị mgbakasị ahụ so isi ala Igbo gaa Ugwu azụta ahịa, Ụzụmma ka nwere ohere ighe akara. Ọ bụ naanị nwaanyị nwere obi dike ga-akpanwu ụdị agwa a. Nke a pụtara na nwaanyị ọbụla lụrụ di kwesịrị inwe ihe ọ na-atụnye iji mee ka be ya

na-eto n'ihi na ịghasa na idozi ezinaụlọ dị nwaanyị n'aka. Dịka Anagor n'ime Ifeka (2014:18) si kwuo:

> Nwaanyi ....
>
> Ị bata, ụlọ adị mma ma Ị gbaa njọ,
>
> ụlọ akwakaa ka akwa
>
> I nwere ikike idozi ma ghasaa ezinaụlọ

Ọtụtụ n'ime nnukwu ọrụ nwaanyị na-arụ bụ idozi na ịchịkọta be ya. Ọ bụ nke a kpatara na o nwee ka nwata si kpaa agwa dị aṅaa, a jụọ ya ma ọ ṅụkwara ara nne ya. Ọ bụ nwaanyị nọ n'ezinaụlọ na-akwụ dịka osisi ọjị, jide ezinaụlọ ya nke ọma. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị bilitere n'ezinaụlọ ha ji ohere ahụ na-akparị di ha, ọ kachasị ma ọ bụrụ na nwoke ahụ na-ewetabu ego e ji azụ ezinaụlọ ya.

N'*Adaeze,* akụkọ dị n'agụmagụ a bụ maka otu nwoke aha ya bụ Uchechukwu, nwunye ya Ụzụmma na ụmụ ha Adaeze, ada ha nwaanyị na ụmụ nwoke abụọ ndị ọzọ ha mụtara. Uchechukwu rụụrụ ndị ọcha ọrụ nke mere na ndị obodo na-ahụta ya ka onye ma ihe. Ọ rụtara ego n'ọrụ ya mana ọ na-emefu ego ya niile n'ụlọ nkwụ. Iweta ego nri n'ezinaụlọ ya adịghị mfe ma ya fọdụ ego e ji azụ ụmụ ya n'ụlọ akwụkwọ. Nke kacha ewe ya iwe bu ịzụ nwa ya nwaanyị n'ụlọ akwụkwọ. Ọ jụrụ ajụ na ego ya agaghị aba n'ịzụ nwaanyị n'ụlọ akwụkwọ n'ihi na ọ baghị uru. Nwadike (1978:29) zipụtara nke a mgbe ọ sị:

> Uchechukwu bụ otu onye na ndị kwenyere na onye na-azụ nwata nwaanyị n'ụlọ akwụkwọ na-akwọ aka ọ ga-eji etiri ọkụkọ akị. Ọtụtụ mgbe n'ụlọọrụ ha na n'ụlọ oriri na ọṅụṅụ ebe ọ na-aga, akụkọ ndị mmadụ na-akọ bụ etu ụmụ nwaanyị ndị nne ha zụrụ n'akwụkwọ si agbakwuru ndị nwoke n'emeghị ka ndị mụrụ ha rachaa aka... nke a mere ka Uchechukwu jụwapụ isi na Adaeze ga-eje akwụkwọ.

Ọtụtụ ụmụ nwoke nwere ụdị echiche a. Ha na-ahụta ịzụ nwa nwaanyị n'ụlọakwụkwọ dịka mmefu ego ebe ọtụtụ n'ime ha bodoro aka n'ihe ndị mmadụ kọrọ maka ụmụ nwaanyị nne na nna ha zụchara n'akwụkwọ, nwoke ọzọ lụwa ha nke ga-eme ka ihe ọbụla ha nwere bụrụ nke nwoke ahụ lụrụ ha. Uchechukwu so na ndị nwere ụdị echiche a tinyere na ọ chọghị iwepụta ego, wee jụ na ụmụ ya agaghị eje akwụkwọ. Nwunye ya bụ Ụzụmma che na di ya na-egwu egwu mgbe ọ gwara ya nke a ma ọ maghị na o nweelarị mkpebi a n'obi ya kemgbe. Nke a pụtara ihe mgbe odee dere:

> N'isi mbido, Ụzụmma chee na di ya na-egwu egwu na e mechaa, ọ ga-agbanwe obi ya, mana mgbe ọ hụrụ na ụra kwere izu aghọọla ọnwụ, ya na uche ehuru...o chetara na ụmụnna bụ ike. N'ihi ya, o wee kpọọ ụmụnne di ya, ndị lụpụrụ di n'ebe dị iche iche ka ha bịa soro ya kwurukwanụ.

Ọ bụ naanị onye maara ihe ọ chọrọ na-agba mbọ ịhụ ụzọ ọ ga-esi nweta ihe ahụ. Ụzụmma agaghị akwụkwọ ma ọ maara na ọ bara uru, ọ kachasị na ndụ nwaanyi. Di ya ekwuola na aka ya adịghị n'ịzụ ada ya nwaanyi, ọ ga-agbachizi nkịtị? Nke a mere o ji zọpụ njem, kpọkuo

ụmụnne di ya, ndị ọ ma na ha ga-agwanwu di ya okwu. N'oge ugbu a, ụmụ nwaanyị ụfọdụ na-ekpesara ụmụnne di ha ndị nwaanyị ihe ọbụla dapụtara n'etiti ha na di ha. Oge ụfọdụ mkpesa dị otu a na-amịta ezi mkpụrụ ma ụfọdụ oge, ọ naghị amịta ezi mkpụrụ. Ihe kacha mkpa bụ na a gbara mbọ ka okwu dapụtara bie. Ụmụnne Uchechukwu kọwaara ya mkpa na uru dị n'ịzụ nwa nwaanyi ma ọ jụrụ ajụ. Ụmụnne ya ahụ wee tụnyere Ụzụmma alo ka ọ gaa n'ihu zuo nwa ya. Nwadike (1978:33)si otu zipụta ya:

> Ụmụnne di Ụzụmma toro ya na mgbalị ya niile ma gwakwa ya ka o jisike. Ha sụrụ ya nkume n'obi ka o ziga Adaeze ụlọakwụkwọ, kwe ya nkwa na ha aghaghị inyere ya aka. Mana tupu oge a niile, Ụzụmma eburula n'uche ihe ọ ga-eme, kama ọ chọrọ ka a ghara ịta ya ụta n'ikpeazụ na ọ bụ o leliri di.

Site na nzipụta a, a ga-ahụ na Ụzụmma abụghị naanị na ọ na-agba mbọ, ọ na-erubere di ya isi. A tụlee ma gbakọọ ihe dị n'ịzụ mmadụ n'ụlọakwụkwọ, a ga-aghọta ụdị ọrụ chere Ụzụmma n'ihu ma ụjọ atụghị ya. O kpebielarị ihe ọ ga-eme, nke gosiri na ọ maara ụdị ọrụ ọ na-abanye n'ime ya.

Ọ bụghị na Uchechukwu enweghị ego o ji azụ ụmụ ya kama ọ dị nkịrịnka. Ihe na-azọ ya na ezinaụlọ ya bụ na nwunye ya bụ onye umeala, wee weghara ọnọdụ, zọnye ụkwụ ebe di ya kwesịrị ịzọnye wee kpokọba ezinaụlọ ya. Ibu ezinaụlọ wee dakwasa Ụzụmma, o wee bụrụ ịbụ ka ajadu. Ọ na-ahịa mmadụ abụọ ahụ ịchịkwa ezinaụlọ, mara otu a ga-adị ma a hapụrụ ya otu onye.

Nwadike weturu ahụ ala wee detuo ụzọ dị icheiche Ụzụmma si agba mbọ were na-enweta ego. Ụzọ ndị a bụ site n'ịkọ ugbo, ịgba ahịa Ugwu na ighe akara chọọchị. Nke a gosiri na Ụzụmma abụghị onye ume ngwụ. Ihe ndị a e depụtara Ụzụmma na-arụ wee na-enweta ego bụ ọrụ mmadụ atọ mana naanị ya na-arụ ha niile. Ụdị akparamagwa a kọrọ ụkọ. Nwadike (1998:27) kwuru na ọ bụ eziokwu na di ya na-eme nwunye ya na ụmụ ya ihe mgba anya mmiri mana ọ naghị achọ isi n'aka onye ọbụla nata nkwutọ ebe di ya nọ. Nke a gosiri ogogo o dowere di ya. Ọ bụ nke a mere ụmụnne di ya ji kwụrụ ya n'azụ. Dị ya mechara nwụọ ebe ụmụ nwoke abụọ ọ mụtara gara agha ma ha alọtaghị. Adaeze onye nke ọ zụrụ n'ụlọakwụkwọ bụ onye dị ndụ lekọta ya anya n'ihi na ọ gụrụ ezigbo akwụkwọ, chie sista, bụrụ otu onye n'ime ndị obodo ji eme ọnụ ma bụrụ ọgaranya.

### iii. Ọnọdụ ajadu nwaanyị

N'ala Igbo, ajadu nwaanyị bụ nwaanyị di ya nwụrụ anwụ. *N'ụwa bụ nke Onye,* a kọrọ maka otu nwaanyị aha ya bụ Uriọma. Ọ lụrụ di n'ezinaụlọ ụmụ nwoke ka n'ọnụọgụ. Di ya bụ Anịudo rụtara ego n'ọrụ oyibo. Ọ bụkwa onye ịgụ akwụkwọ na-amasị. Otu ụbọchị, ka ahụ ọkụ rewere Anịudo a. Ọ gara ụlọọgwụ ịmata ihe na-eme ya ma dọkịta sịrị ya na ọ bụ ọrịa a na-akpọ haịnia bụ ihe na-ebutere ya ahụ ọkụ n'ihi ya a ga-ebepu ya ahụ, wee gwọọ ya ọrịa. Nọọsụ nọ n'ụlọ ọgwụ eletaghị ma ọbara ya ọ gbaliri elu tupu ọ gbaa ya ọgwụ n'akwara na-ebu ọbara aga na mkpụrụobi, nke a mere ka o kubie. Ka di ya nwụchara, Uriọma kpebie na ya ga-amalite ebe di ya kwụsịrị n'izu ụmụ asatọ fọdụụrụ ya. Nsolibe (2018:47) tinyere ya otu a:

> Uriọma weere akwa kee n'ume were malite ịta ahụhụ ịzụ ụmụ ya n'akwụkwọ. Ọ sịrị na di ya hụrụ ịgụ akwụkwọ n'anya nke ukwuu na o kpebiri mgbe ọ dị ndụ na ụmụ ya

> niile ga-agụ akwụkwọ ma ndị nwoke ma ndị nwaanyị.... Ọ dịghịịrị Uriọma mfe mana ọ tachitere obi na-eme ya makana ọ siri na ntị anaghị ezu ike sọọsọ ma ihe ọ na-ata ọ gwụrụ.

Nke a bụ ụzọ ọzọ ụfọdụ ụmụ nwaanyi si ezipụta ike zoro ezo dị ha n'ime. O nwekwara ọtụtụ ụmụ nwaanyị malitere ịkpata ego ka di ha nwụchara, ebe ụfọdụ bụ ndị kpatawara ego n'ihi na di ha anaghị emezi ka o sibu eme, ebe ụfọdụ bụ naanị na ha wara anya. Odee agụmagụ a akọwaghị ma Uriọma o nweburu ọrụ ọ na-arụ tupu di ya anwụọ, ma ọ kọwara na ọ bụ di ya na-azụ ezinaụlọ ya. E lee anya na nzipụta a dị n'elu, a ga-aghọta na Uriọma elegharịala anya hụ na ọ bụzị ọrụ ya ịzụ ụmụ ya iji mezu ọchụchọ obi di ya. Ọ matakwara na ọ gaghị adịrị ya mfe ịzụ ụmụ asatọ naanị ya mana ọ tachitere obi buwe ibu ahụ. Iji nyere onwe ya aka n'ọrụ chere ya n'ihu, ọ malitere ime ọtụtụ ihe ga na-enyere ya aka ịzụ ụmụ ya. Nsolibe (2018:47) zipụta ihe ndị ahụ otu a:

> Chi ya gọziri ya n'eruru mbara ezi. Ewu, atụrụ, ọkụkọ Bekee na torotoro ọ na-azụ na-enye ya ego. Ewu na atụrụ ya ụfọdụ na-amụ atọ atọ, ụfọdụ anọ. Ọkụkọ na torotoro ya, ibu anaghị ekwe ha akwụ ọtọ ma ya fọdụ ịga ije ma Uriọma zụchaa ha. Ihe ndị a na-anyụrụ ya ego. Ọzọ, o nwere nkwụ na-afọ akwụ nke ukwuu. Ọ na-asụ akwụ na-enweta mmanụ ọ na-ere ere ebe ọ dị ukwuu. Mgbe ụfọdụ ọ na-ere mkpụrụ akwụ Ihe ndị a ka ha na-eme were enweta nri ụbọchị nakwa ụgwọ akwụkwọ.

Ọnọdụ ajadu nwaanyị bụ ụzọ ụmụ nwaanyị si ezipụta ike di ha n'ime. Dịka Uriọma, ụfọdụ ụmụ nwaanyị ajadu na-eyi akwa mkpe ha nọrọ n'ahịa na-azụ ahia. Ụfọdụ ajadu nwoke agaghị enwenwu ndidi ịchịkwa ụmụ asatọ. Ọ ga-alụgharị nwaanyị ga na-elekọtara ya ụmụ ya. Nwoke anaghị enwe ndidi e ji azụ nwa. Uriọma zụchara ụmụ ya niile n'akwụkwọ, ha niile baa uru. Otu nwa ya nwaanyị bụ nọọsụ. Otu nwoke nọ mba Amerịka bịara lụọ ya, kpọlaa ya Amerịka. Ha mechara kpọrọ Uriọma laa Amerịka, ọ nọrọ afọ asaa n'obodo ahụ.

N'Amerịka, Uriọma mere ka nwa ya mara na ya agaghị anọ nkịtị. Ọ gwara nwa ya ka ọ chọọrọ ya ihe ọ ga na-arụ ma na-enweta ego. Nwa ya nwaanyị doziri otu ọnụ ụlọ na be ya, Uriọma malite iledo ụmụ ndị enyi nwa ya anya. O sikwa ebe a na-enweta ego ọ na-ezigara ụmụ ya ndị fọrọ na nwa ya àhụ́ adịghị nọ na Naịjiria. Nsolibe (2018:83) zipụtara ya otu a;

> Ọ gwara nwa ya nwaanyị na ọnọdụ otu ebe adịghị mma Adaeze doziri otu ọnụ ụlọ na be ya ebe ọ ga na-elekọta ụmụntakịrị nne ha hapụrụ gawa ọrụ anya. Nke a mere ka Uriọma nwee ihe ọ na-arụ ma na-enwetakwa ego.... Uriọma sizi ebe ahụ nwetakwa ego, ọ malitere zitawara ụmụ ya ndị nọ na Naịjiriịa ego dọla.

Nwaanyị mụtara ụmụ nwaanyi isii lụcharala di, na ụmụ dimkpa abụọ, abụghịzị nwata. A sị ka a tụlee afọ ole Uriọma dị, a ga-ahụ na ọ gbagotala n'afọ. N'agbanyeghị nke a, ike ọrụ ka dị ya. Ọ ka na-akpata akụ ọbụladị n'agadi. Nke a gosiri na nwaanyị na-ezipụta ihe mere ya nwaanyị ọ bụladị na nka.

**Nchịkọta**

Ka e mechara nchọcha a, a chọpụtara na ụfọdụ ụmụ nwaanyị ka ụfọdụ ụmụ nwoke sie ike. A chọpụtakwara na ọtụtụ oge, na ọ bụ mgbe nwaanyị hụtara onwe ya n'ihe mmekpa ahụ ka ike

dị ya n'ime ji apụta ihe**.** Ọ bụ ike a dị ha n'ime mere na ha na-ejidenwu ezinaụlọ ha nke ọma. Nwoke lụtara ezigbo nwaanyị, zuru oke kpọmkwem ebe nwoke lụtara ajọ nwaanyị, gwụrụ agwụ kpọmkwem. Ihe mere na ọtụtụ di na nwunye na-ebi ogologo ndụ, ma e wepụ ọrịa, bụ n'ihi na ha abụọ nyere onwe ha udo tọrọ atọ. Onye ọbụla n'ime ha rụrụ ọrụ o kwesịrị ịrụ. Mana ọ bụrụ na di ahapụ ịrụ ọrụ ya dị ka di, ọ bụrụ na ọ lụtara nwaanyị maara ihe, nwaanyị ahụ ga-amalite rụwa ihe ndị ahụ di ya kwesịrị ịrụ, ma nyekwa ya nsọpụrụ ruru ya. Mana mgbe ụfọdụ, nke a na-apụta okwu n'ihi na ọ bụghị nwaanyị niile ga na-ebu ibu ezinaụlọ naanị ya, ghara ịkparị di ya. Ọ ka mma ka ụmụ nwaanyị ṅomie Ụzụmma, Nwaife na Uriọma ndị buru ibu dịịrị ha n'eleghị mmadụ anya. Mbọ Ada gbara ịzụ ahịa mgbe ahịa di ya ghasara kwesịrị nṅomi kama na nleda o ledara di ya ekwesịghị ka nwaanyị ọbụla ṅomie ya. Ụmụ nwaanyị ga-aghọtakwa na nwata ọbụla nọ na be ya bụ nwa ya, n'ihi nke a o kwesịrị ịzụ ya ka nwa ya n'ihi na nwata ahụ dị njọ, ọ dịịrị ya na obodo, ọ dị mma, onye ọbụla ga-eri uru ya. Otu ihe ụmụ nwaanyị niile e nyochara agwa ha n'edemede a nwekọrọ ọnụ bụ na o nwere ọnọdụ ọjọọ dapụtaara ha n'otu na otu. Ọ bụ ọnọdụ a kpaliri ha ịkpa agwa ha kpara. Nleli a na-eleli ụmụ nwaanyị na-akpali ha ime ọtụtụ ihe, ma nke ọjọọ ma nke ọma.

**Alo**

Oge ugbua abụghị oge a na-edobe ụmụ nwaanyị n'akụkụ. Ha azọtawala onwe ha. Ụwa anụwala olu ha. Nke a mere na ha na-apụtazị ihe ebe ọbụla ha chọrọ ịpụta. Ha na-apụta na gọọmentị, nka na ụzụ, azụmahịa, ọrụ oyibo na ebe ndị ọzọ masịrị ha. Iji gbaa ha ume, a tụrụ alo ndị a:

a. Ka ụmụ nwaanyị kwụsị ige ihe ọbụla ga-ebutu mmụọ ya mgbe ọbụla ha chọrọ ime ihe dị mma ma gee ntị ịnụ ihe ga-akwalite mmụọ ha.

b. Ka ụmụ nwaanyị belata ịtụkwasị obi na ọ bụ nwoke ka ime ihe ụfọdụ dịịrị ọ kachasị n'ezinaụlọ, kama ka ha gbaa mbọ ime ihe ndị ahụ n'onwe ha n'ihi na nke a ga-enyere ha aka ịmụta ihe ndị ahụ.

Ch. Ka ha gbalịa mụta ụmụ ole ha ga-azụnwu ka ọ gbara ịgbaka ha aka ma ọ bụrụ na o nwee ka ihe ike si dakwasa di ha.

d. ka ha gbalịsie ike nwee aka ọrụ n'ihi na nke a ga-enye ha ohere ịkpata ego ha ga-eji kwado ezinaụlọ ha, nyekwara ha aka ikuziri ụmụ ha mkpa ịkwado ezinaụlọ dị.

**Edensibịa**


Brewerton, P. (2019 February 20). Find your hidden Strength. Strength Scope. https://strengthscope.com/find-your-hidden-strength

Ifeka, O.R (2014) (ọhz). *Ibènê*. Perect Image Publishers.

Nsolibe, O.T (2018). *Ụwa bụ nke onye.* Perect Image Publishers.

Nwadike I.N (1996). Igbo Contemporary Drama. Early Beginning, Bibliography, & Classification. Na *Nsukka Journal of the humanities* 9.114.

Nwadike, I.U (1998). *Adaeze.* Pacific Correspondent College & Press.

Okeke, J. N (2009): Oral Literature and Family: The Igbo eụample. N'*Unizik Jounal of Art & Humanities* 2. 180

Olá L, Richter R & Kotowska, I. (2014). The New Roles of Men & Women and Implications for Families & Societies. Families and Society. familiesandsocieties.univie.ac.at

Orjinta A.I. (2013, January 26). *Womanism as a method of Literary Text Interpratation.* A study of emergent Women's Images & Religious Straucture in Selected Works of Henrich Bo11. Ludwig-Maximilians- Universitiat Munchen. https://edoc.ub.uni-muenchen.de.

Otiono, N. (2014). 'Catherine Acholonu (1951-2014): The Female Writer as a Goddess'. *Nokoko*, 4, 67-89

Omware, K. (2019, February 25) Hiden Strengths: The Secret Power of Human Weakness. Medium. https://www.medium.com/@nextgenwritters

Shuani, A(2020, December 8). Roles of Women in the Family & Society. YourArticle Library. https://www.Yourarticlelibaray.com

Simeon, S. (2021, February 2). *More Couples are Embracing Female Breadwinners, despite Decades of* Old Stigmas. NPR. https://www.npr.org on.

Sundel, H. (2020, February 14). *I'm the Breadwinner in my Relationship & it's Complicated.* Yahoo Life.https://www.yahoo.com/lifestyle

Sindell, T. & Sindell, M. (2015). Hidden Strength: Unleashing the Crucial Leadership Skills You Already Have. Berrett-Koehler

# AMAGHỊ ASỤ NA AMAGHỊ EDE ASỤSỤ IGBO: ETU Ọ DỊ NA MAHADUM NNAMDỊ AZIKIWE, ỌKA

Ọlụọma Onyinyechi Amụtaigwe

amutaigweoluoma@gmail.com

08130195571

Ngalaba Amụmamụ Igbo, African na Nzikọrịtaozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

&

Florence Uju Ibeh

Ngalaba Amụmamụ Igbo, African na Nzikọrịtaozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Email: ibehujuflorence@gmail.com

**Ụmị edemede**

Amaghị asụ asụsụ Igbo pụtara oge mmadụ enweghị ike ịkpọpụtanwu mkpụrụ okwu ma ọ bụ ị sunwu asụsụ Igbo n'usoro kwesịrị ekwesị. Ebe amaghi ede asụsụ Igbo pụtara oge mmadụ enweghị ike itikọtanwu mkpụrụ edemede Igbo ma jiri ya mee ahịrịokwu dabara adaba, nke onye na-agụ ihe ahụ ga-aghọta nke ọma ihe odee bụ n'obi we de ya. Ihe kpalitere nchọcha a bụ ịchọpụta nsogbu ụmụ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka bụ ndị Igbo na-enwe kpatara na ụfọdụ n'ime ha amaghị asụ ma na-edekwa asụsụ ha etu o kwesịrị. Isi ebumnobi nchọcha a bụ: ịchọpụta ihe bụ amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo na Ihe butere amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'ụlọ akwụkwọ Mahadum Nnamdị Azikiwe nọ. E nyochara akwụkwọ ndị metụrụ aka na ọtụtụ ihe ndị odee kwuru maka isi okwu a. Usoro nchọcha a gbasoro bụ usoro nchọcha kenkọwa. Atụtụ e ji mee nchọcha bụ atụtụ Nnyocha Mmejọ nke Lado 1957. Nchọpụta e nwetara n'ime nchọcha a bụ na nsogbu amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo na-esitekarị n'aka ndị nne na nna ndị anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo mgbe ha na-etolite, enweghị ụlọ mgbasa ozi naanị maka asụsụ Igbo. Nchọpụta ọzọ bụ na amaghị asụ na amaghị ede sitere n'aka ndị isi ụlọ akwụkwọ, ndị nkuzi ụka, ọgbakọ dị iche iche e nwere oge ugbua dị ka ọgbakọ ụmụnna, otu ọgbọ na ndi gọọmenti. Uru nchọcha a

bụ na ọ ga-enye aka ime ka ndị nne na nna mata mkpa ọ dị iji asụsụ Igbo bụ asụsụ nne zụọ nwatakịrị mgbe ọ na-etolite. Nchọcha a na-atụ aro ka ndị nne na nna na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo, ka e wepụta ụlọ mgbasa ozi naanị maka asụsụ Igbo, ka asụsụ nne bụrụ ihe a ga-eji na-akụzi ihe n'ụlọ akwụkwọ dị iche iche dị n'ala Igbo.

## Mkpọlite

Amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo n'ebe ụmụ akwụkwọ Mahadum nọ bụ otu n'ime nsogbu na-adọghachi asụsụ Igbo azụ. Ọ bụ asụsụ ka e ji enwe mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Asụsụ bụ ndụ ma bụrụ ụzọ anyị si ezipụta, kọwapụta ma ọ bụ kwupụta ihe dị anyị n'uche.

N'ala anyị bụ Naijirịa, e nwere ọtụtụ asụsụ dị iche iche dị ka e si nwee omenala na agbụrụ dị iche iche. Ma n'ime ha, e nwere agbụrụ atọ pụtakarịrị ihe ndị bụ Igbo, Awụsa na Yoruba. A bịa n'agbụrụ atọ ndị a, a ga-asịkwa na ọ bụ asụsụ Igbo kacha adaghachi azụnke akparamagwa ọjọọ ndị Igbo n'ebe asụsụ ha dị butere ya. Ha chezọkwara na ọ bụ asụsụ bụ omenala na ndụ obodo. Ihe ọ pụtara bụ na obodo ọ bụla enweghị asụsụ nwụrụ anwụ.

Ọ bụ n'ihi akparamagwa ọjọọ ndị Igbo nwere n'ebe asụsụ ha dị kpatara nchọcha n' isiokwu a jiri dị mkpa. Ebumnobi nchọcha a bụ : itule ihe bụ amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo, ịmata ihe butere amaghị asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Mahadum, ịchọpụta ọghọm amaghị ede na amaghị asụ asụsụ Igbo wetara n'asụsụ na omenala Igbo, na ịmata uru asụsụ Igbo baara nwatakịrị Igbo ọ bụla maara asụ ma na-edekwa asụsụ ya. Olile anya bụ na nchọcha a ga-akụziri ndị Igbo mkpa ọ dị ịmụ asụsụ ha, ịsụ ya, idekwa ya ede na iji ya bụ asụsụ Igbo na-aga mba dị iche iche. Asụsụ a gbadoro ụkwụ wee na-eme nchọcha bụ asụsụ Igbo.

## Ntụleghari qgụmagụ

N'ebe a, e lebara anya n'ihe ụfọdụ ndị odee kwuru ndị metụtara isi okwu nchọcha a. A ga-eme nke a site n'ileba anya n'isi okwu ndị a:

### Asụsụ

Asụsụ bụ okwu onụ nkịtị ma bụrụ ụzọ mmadụna ibe ya si enwe mmekorita.Anozie (1999) kwuru na asụsụ bụ ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche. Obidiebube (2009) dere na asụsụ bụ otu ụzọ pụrụ iche e wepụtara ka mmadụ na ibe ya site na ya na-enwe mmekọrịta. Mmadụ na-esite n'ụzọ dị otu a egosipụta echiche ya, mmetụta o nwere, ihunanya, ihe ọ chọrọ, ihe na-amasi ya na ihe o nweghị mmasị na ya. Mmadụ na-eme ihe ndị ahụ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede.

Crystal (1972) rụtụrụ aka na anyị na-enweta ụda mgbe e nwere mmetụta ahụ n'ụzọ dị iche iche n'etiti njiakpọike na njiakpọjụụ. Ọ bụ ụda ndi a ka ndị ọkachamara n'asụsụ na-ahazi

n'ụdị ọdịmara nke e ji emebe asụsụ. Ọ gara n'ihu kwuo na ọ dịnnọ ka a ga-asị na o nweghị ihe ọ bụla mmadụ na-eme n'ụwa a nke achọghị enyemaka asụsụ.

**Ndị Igbo**

Ndị Igbo bụ ndị isi ojii na-asụ asụsụ Igbo ndị bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naịjịrịa. Ebe a maara dị ka ala Igbo bụ Steeti Anambara, Enugwu, Ebonyi, Imo na Abịa. Ndi Igbo mejupụtakwara mpaghara ụfọdụ na Steeti Delta, Akwa Ibom na Rivas. Ọnụọra (2015) kọwara na ebe a na-ahụ ndị Igbo bụ n'ọwụwa anyanwu Naijirịa n'etiti "Latitude $5^0$ na $7^0$ Ọdịda Anyanwụ na Latitude $6^0$ na $8^0$ Ọwụwa anyanwụ nke ahịrị Greenwich". Nnukwu ihe jikọtara ndị Igbo dị ka otu agbụrụ bụ asụsụ ha bụ asụsụ Igbo. Ha bikọtakwa n'otu ebe a maara dị ka ala Igbo nke Onwuejeogwu (1981) kpọrọ "Igbo Culture Area". Ndị Igbo bụkwa ndị isi ojii na-agba mbọ nke ukwuu ma na-elekwa ọbịa nke ọma.

**Asụsụ Igbo**

Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe na Naịjịrịa, abụọ ndị ọzọ bụ Awụsa na Yoruba. Asụsụ Igbo bụ otu asụsụ dị n'okpuru ezinaụlọ asụsụ a na-akpọ "Kwa" nke sitere n'okpuru Naija-Congo. Ndị na-asụ asụsụ Igbo a gụnyere mpaghara ala Igbo niile dị na akụkụ ọwụwa anyanw Naijịrịa ndị bụ ndị Igbo.Asụsụ Igbo dị oke mkpa dị ka ọ dị n'asụsụ ndị ọzọ n'ala anyị n'ihi na e ji ya ezipụta omenala ndị Igbo. Ọ na-ewetakwa ọganihu obodo mekwaa ka obodo kwụrụ chịm. Otu ihe pụtara ihe n'asụsụ Igbo bụ na ọ bụ asụsụ e ji ọtụtụ olu asụ. Ọtụtụ olu a dịkwa mma ebe ọ baara ndị na-asụ ya uru, ma ha bụcha asụsụ Igbo. Ya kpatara ilu a bụ na " Igbo na-asụ n'olu n'olu ma ha kwaa ụkwara ọ bụrụ otu". Olu e ji asụ asụsụ Igbo bụ: Olundị maọbụ olumba na Igbo izugbe.

**Olundị**

Olundị bụ olu Igbo dị iche iche a na-asụ na mpaghara ala Igbo dị iche iche. Olundị a niile bụcha otu asụsụ Igbo ma ha abụghị otu, e nwere ndịiche dị n'etiti ha. Mpaghara ala Igbo dị iche iche nwere olu dị iche iche ha ji asụ asụsụ Igbo. Olu niile e ji asụ asụsụ Igbo ka a na-akpọ olu asụsụ Igbo n'ihi na ha gbanyere mgbọrọgwụ n'ime asụsụ Igbo. Nke a mere West (1981) jiri kọwaa olu asụsụ nke ọ kpọrọ olu mba dị ka "naanị otu ndị bi n'otu akụkụ obodo". Ọ hụtara olundị dị ka otu ụzọ e si asụ asụsụ nke pụtara na otu asụsụ nwere ike inwe ụzọ dị iche iche e si asụ ya. Johnson (1979) na nkọwa nke ya dere na olundị bụ otu mpaghara n'ime asụsụ. Ọ bụ ezie na nkọwa ya dị nke nke mana o doro anya n'ihi na o mere ka a ghọta na olu asụsụ akwụrụghị onwe ya, kama ọ gbadoro ụkwụ n'otu nnukwu asụsụ.

**Igbo Izugbe**

Igbo Izugbe bụ olu asụsụ jikọtara ndị niile na-asụ otu asụsụ Igbo ọnụ. Ọ bụ oluasụsụ nke ndị mmadụ kwekọrịtara na a ga na-asụ n'ọgbakọ jikọtara mpaghara obodo dị iche iche.

Igbo izugbe bụ olu asụsụ Igbo ahụ a na-ede n'akwụkwọ, werekwa ya na-akuzị ihe n'ụlọ akwụkwọ. Ọgbalụ (1967) sịrị na Igbo izugbe bụ Igbo nke onye ọ bụla bụ onye Igbo nwere ike ịghọta sụọ ma dee n'akụkụ ebe niile a na-asụ Igbo. Emenanjọ (1991) mekwara ka a mata na Igbo izugbe bụ "ozulu Igbo ọnụ. Okwu ndị a kọwara ebe a nyere aka ịkọwa ihe bụ amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo

**Amaghị asụ asụsụ Igbo**

Amaghị asụ asụsụ Igbo pụtara oge mmadụ enweghị ike ịkpọpụtanwu mkpụrụ okwu Igbo ma ọ bụ ịsunwu asụsụ Igbo, n'usoro kwesịrị ekwesị nakwa, amaghị usoro e ji ahazi asụsụ Igbo na iwu na-achịkwa asụsụ Igbo. Ọ bụkwa mgbe mmadụ amaghị etu ọ ga-esi gbazi Igboizugbe ma bubata ya n'ihe ọ na-asụ n'asụsụ Igbo nke na onye ọ na-agwa ga-aghọta ihe ọ na-ekwu. Ọ bụ ụdị ọnọdụ a na-ebute mkpọhie nsụhie, nsụjọ dg.

**Amaghị ede asụsụ Igbo**

Amaghị ede asụsụ Igbo pụtara oge mmadụ enweghi ike itikọtanwu mkpụrụ edemede Igbo ma jiri ya mee ahịrịokwu dabara adaba, nke onye na-agụ ihe ahụ ga-aghọta nke ọma ihe odee bụ n'obi we de ya. O bụkwa ihe e dezighị edezi ma ọ bụ ihe emetaghị nke ọma. Ndejọ ọ bụla pụtara `ihe` n'asụsụ Igbo bụ amaghị ede asụsụ Igbo. Amamihe asụsụ Igbo na-apụtakarị ihe mgbe e dere ya ede. Ọ bụ n'odide ka e si ezipụta ebe mmadụ maruru asụsụ Igbo. N'asụsụ Igbo e nwere iwu na-achịkwa usoro odide ya. Amaghị ede asụsụ Igbo bụkwa mgbe mmadụ amaghị iwu nsụpe, ọ kachasị n'itinye ntụpọ na akarauhie ebe o kwesịrị na ndejo nke ha na-edejo nnọchiaha na nnọchimpesin.

**Ọmụmụ na mmụta asụsụ**

Ọraka (1983) dere na asụsụ abụghị ihe e jiri mụọ mmadụ nke o ji abụ ihe a na-eketa n'oke nne ma ọ bụ nna, mana a na-amụta ya amụta. Iji kwado okwu a, Yule (2001) kọwara na nnweta asụsụ ma ọ bụ ọmụmụ asụsụ bụ ụzọ nwatakịrị si enweta, na-asụ ma kwụrụ chịm n'ịsụ asụsụ a mụnyere ya na ya ma ọ bụ asụsụ mbụ ọ mụtara. Ọ gakwara n'ihu kọwaa ọmụmụ asụsụ dị ka usoro a na-akpacha anya agbaso iji nweta mmụta banyere akpaokwu/vokabụlarị na ụtọ asụsụ ọ bụla. Littlewood (2000) kwukwara na ọmụ asụsụ ọ bụla nwere n'ime ya silebọọsụ nke na-agbaziri ya usoro ọmụmụ asụsụ n'ụzọ pụrụ iche. Ya bụ na onye ọ bụla agbasoghị usoro ndị a e kwuru ga-eme ọmụmụ asụsụ ka ọ bụrụ ihe siri ike ma ọ bụ ihe agaghị ekwe omume.

Anọzie (1999) na-ekwu na mmadụ ịmụta asụsụ pụtara onye ahụ inweta asụsụ ahụ, nwee ike jiri ya na-ekwu okwu, na-ede ihe ma na-aghọtakwa asụsụ ahụ ma na-eji ya egbokwa mkpa niile chere ya asụsụ na-egbo. Onye ahụ nwetara asụsụ ga-ama ntọala niile gbasara asụsụ ahụ. Mgbe onye ahụ nwetere onwe ya n'ụdị ọnọdụ dị etu a, asụsụ ahụ a na-agazi ya were were n'ọnụ. O kwukwara na ihe abụọ pụtara ihe na nkọwa mmụta asụsụ bụ:

(a) Mmadụ ịmara maka asụsụ, mara maka iwu na-achịkwa asụsụ ahụ, mara ebe e nwere ike ịdị na-eji asụsụ ahụ ekwu okwu. Amamihe ụdị ndị a niile na-adị n’ime obi ma ọ bụ n’ime mmụọ onye ahụ na-amụ maka asụsụ.

(b) Onye na-amụ asụsụ iji gosi na ya amụtala asụsụ tosiri inwe ike ijiri asụsụ ahụ na-arụ ọrụ. Ịrụ ọrụ ebe a pụtara na ọ bụghị naanị mmadụ ịmara iwu asụsụ bụ ihe dị mkpa; na ihe ọzọ dị mkpa bụ onye ahụ inwe `nkà iji asụsụ na-akparịta ụka n’etitti ndị nwe asụsụ ahụ n’erighị mperi n’ụzọ ọ bụla.

Asụsụ na-ezipụta onwe ya n’ụzọ abụọ dị ka ọ dị n’Anozie (1999). N’ụdị okwuọnụ na n’ ụdị odide. Okwuọnụ bụ ihe nwata na-ebu ụzọ amụ tupu ọ mụwa maka usoro odide ihe. Usoro odide asụsụ riri nnukwu mperi maka na ọ bụghị ihe niile gbasara asụsụ ka usoro odide na-ezipụtacha. Ọ bụkwaghị mmadụ niile maara asụ asụsụ maara ede ya, n’ihi na odide asụsụ bụ ihe sikarịrị ike n’ọmụmụ asụsụ.

## Atụtụ nchọcha

Atụtụ e jiri mee nchọcha a bụ atụtụ Nnyocha Mmejọ ( Erọ analisisi) nke Pit Corder wepụtara n’afọ 1967. Atụtụ a na-ahụta maka ndejọ niile onye na-amụ asụsụ nke abụọ na-enwe mgbe ọ na-amụ asụsụ nke abụọ ahụ. Ọ na-amụ, na-achịkọba ma na-esekekwa ndejọ niile onye na-amụ asụsụ na-enwe n’ọmụmụ asụsụ ya. Atụtụ a bara uru n’ihi na ọ na-enye aka n’ịchọpụtacha mmejọ niile onye na-amụ asụsụ na-enwe ma wepụta ụzọ a ga-esi emetazi ndejọ ndị ahụ. Atụtụ a na-arụkwa ọrụ n’ụzọ onye na-amụ asụsụ ga-esi chọpụta iwu asụsụ ọ na-amụ nakwa etu ọ ga-esi tinye iwu ndị ahụ n’ọrụ. Atụtụ a dịkwa mkpa n’ihi na ọ na-aga n’ihu na-akatọ nkwenye ọmụmụ ntulekọrịta asụsụ na mmejọ ọ bụla onye na-amụ asụsụ nke abụọ na-eme abụghị naanị nke sitere n’olu nne ya. N’ihi nke a ka e jiri wepụta atụtụ a iji wee dezie mmejọ ndị ahụ onye na-amụ asụsụ nke abụọ mere.

Ebe atụtụ a riri mperi bụ na ọ na-amụ naanịmaka ndejọ nke onye na-amụ asụsụ nke abụọ ma na-eleghara ebe e detara nke ọma anya. Nke a ga-eme ka e wezuga usoro ndị ọzọ dị mkpa n’ọmụmụ asụsụ nke abụọ. Ọzọ, Ọ na-ahịa ahụ idozi ndejọ ndị na-amụ asụsụ nke abụọ mere, tụmadị mgbe e nwere igwe mmadụ na-amụ asụsụ ahụ, n’ihi na onye ọ bụla na-eme ndejọ nke ya n’ụdị nke ya.

Ndị nchọcha ga-eleba anya na nchọcha ndị e merela iji hụ ka ha siri metụta isiokwu nchọcha a wee mata mkpa ọ dị ime nchọcha a.

Chukwuma (2014) mere nchọcha n’isiokwu a bụ “Ọnọdụ Asụsụ Igbo N’ụlọ Akwụkwọ Sekọndịrị Na Mkpobi Ụkwụ Ọ na-ewetara Ọmụmụ Asụsụ Igbo Na Mahadum” Odee a mere nchọcha ya n’asụsụ Igbo. Ọ bụ usoro sovee nkọwa ka o jiri mee nchọcha ya. Ebumnobi odee nchọcha bụ ịchọpụtagasị ụdị agwa ndị nkuzi asụsụ Igbo na ụmụ akwụkwọ sekọndịrị na-akpaso asụsụ Igbo, ụdị ohere a na-enye ọmụmụ na nkuzi asụsụ Igbo, ogo mmụta ndị nkuzi asụsụ Igbo naịchọpụta mkpọbi ụkwụ ọnọdụ asụsụ Igbo n’ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị na-eweta n’amụmamụ asụsụ Igbo na Mahadum.

Odee a ji atụtụ mmụta Soshal Lenin tiori mee nchọcha ya nke Albert Bandura wepụtara n'afọ 1977.

Ihe dị iche na nchọcha ahụ na nke a bụ na isiokwu ha dị iche iche. Nchọcha ya gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta ụdị agwa ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ Sekọndịrị na-akpaso asụsụ Igbo mana nchọcha nke a bụ ịchọpụta nsogbu butere amaghị ede na amaghị asụ n'ụlọ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.

Ume (2014) mere nchọcha ya n'isiokwu bụ 'Ndejọ Ụtọasụsụ Igbo; Etu Ọ Dị n'Etiti ụmụ Akwụkwọ na-amụ Asụsụ Igbo na Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka'. E mere nchọcha a n'asụsụ Igbo. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta ndejo na-apụta ihe n'odide n'edemede ndị na-agụ akwụkwọ na Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka. Ọ gbasokwara usoro sovee nkọwa wee mee nchọcha ya. Atụtụ o jiri mee nchọcha ya bụ Nnyocha mmejọ nke ọ kpọrọ Nseke mmejo nke Pit Corder wepụtara n'afọ 1967.

Nchọcha Ume dị iche na nchọcha nke a na-eme site n'isiokwu ya na ebumnobi ya a bụ ịchọpụta ndejo na-apụta ihe n'odide Igbo n'edemede ndị na-agụ akwụkwọ na Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka ebe ebumnobi nchọcha a bụ ịchọpụta nsogbu na-ebute amaghị ede na amaghị asụ asụsụ Igbo etu ọ dị n'ụlọ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka.

Na nchịkọta, e meela nchọcha dị iche iche nke yitere isiokwu nchọcha a mana e nweghị nke rụtụru aka na nsogbu amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo, etu ọ dị n'ụlọ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka kpọm kwem.

**Ihe butere amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo na Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**

Ụfọdụ ihe butere nsogbu amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo n'ebe ụmụ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe nọ gụnyere :

**Ọbịbịa ụka Kraịstị**

Otu ihe so bute amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo n'etiti ụmụ akwụkwọ Mahadum Nnamdị Azikiwe na ọtụtụ ụmụ aka ndị ọzọ bụ mbata ọziọma batara n'ala Igbo. Nke a si n'ọnụ otu okenye a gbara ajụjụ ọnụ . Ọ kọrọ akụkọ ka ndi Igbo siri we hapụ asụsụ ha maka asụsụ Bekee.O kwuru na mgbe oziọma batara n'ala Igbo, ọ bụ ụka C.M.S (Angilikan) bụ ụzọ wee bata. Ndị Igbo gawara ụka C.M.S bidoro ụlọ akwụkwọ. Ha malitere site n'ọta akara we kuziwere ụmụ aka asụsụ Igbo na mkpụrụ edemede ya. A ga-akuzigidere ụmụ aka ahụ asụsụ Igbo rue mgbe ha ruru ogo Praịmarị nke atọ tupu e webata asụsụ Bekee, nke mere na asụsụ Bekee agaghị ahịazi ha ahụ na mmụta maka na e jirila asụsụ Igbo wee meere ya ntọala. Nke a pụtara na ọ bụ asụsụ nne bụ asụsụ Igbo bụ ntọala maka ọmụmụ asụsụ ọ bụla ọzọ. Mgbe mmadụ maara asụsụ nne ya nke ọma, ọ ga-amụta asụsụ ọzọ ọ bụla ọ chọrọ ịmụ ma n'ọsụsụ ma n'odide asụsụ ahụ.

Mgbe ndị ụka C.M.S gara n'ihu na nkuzi ha, ndi ụka Katọlik batara, bidokwa ụlọ akwụkwọ nke ha. N'ụlọ akwụkwọ nke ndi Katọlik, e nweghị mmasị n'ebe asụsụ Igbo dị, ha malitere n'ọta akara kuziwere ụmụ akwụkwọ ha asụsụ Bekee na Latin nke mere na nwata akwụkwọ nọ n'ogo praịmarị nke mbụ na-asu asụsụ Bekee. Nke a mere ka ndị nne na nna

ụfọdụ kpọkọrọ ụmụ ha nọ n'ụlọ akwụkwọ ndị C.M.S kpọga ha n'ụlọ akwụkwọ ndị Katọlik, ebe a na-asụ asụsụ Bekee. Ọ bụ ebe a ka akparamagwa ọjọọ ndị Igbo n'ebe asụsụ ha dị malitere dị ka nwoke ahụ a gbara ajụjụọnụ siri kọwaa.

Ọtụtụ ndị ụka ọgbaraọhụrụ bu asụsụ Bekee ka ha ji aka ụka. Ha ji ya egosi na ha so n'ihe a na-eme. Ọtụtụ ụlọ ụka na-aka na Bekee na akakwa n'Igbo mana ebe a na-ahụkarị ndị mmadụ nke ọma bụ n'ụka nke Bekee, ma ndị maara asụ ma ndị amaghị asụ.

**Nsogbu sitere n'aka ndị nkuzi**

Ndị nkuzi ụlọ akwụkwọ, tụmadụ ndị mmadụ nwe so mee ka ụmụ ntakịrị ghara inwe mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo nke butere amaghị asụ na amaghị ede Igbo n'ebe ọtụtụ ụmụ akwụkwọ nọ. Ọtụtụ ụlọ akwụkwọ anaghị enye asụsụ Igbo ohere kwesịrị dị ka na steeti Anambara, ebe a na-asụ ya naanị otu ụbọchị n'ime izuụka.Ọtụtụ ụlọ akwụkwọ mara iwu na agaghị na-asụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ ha. Ha na-adakwa ụmụ akwụkwọ sụrụ Igbo nha.

**Nsogbu sitere n'aka ndị ọchịchị**

Ka oge na-aga, ndị gọọmentị weghaara ụlọ akwụkwọ niile we bupụtezie asụsụ Bekee nke ọma ma leghara asụsụ Igbo nke mere ka ụmụ ntakịrị ghara inwe mmasị n'ịmụ asụsụ Igbo. Ha meziri asụsụ Igbo ka ọ bụrụ ọ masịrị onye nke mere ka ndị mmadụ hapụ asụsụ Igbo na-amụ asụsụ ndị ọzọ. Ọ bụ nke a mere na ọtụtụ ndị nkuzi asụsụ Igbo ọ kachasi n'ụlọ akwụkwọ praịmarị na Sekọndịịrị amaghị ihe ha na-akuzi maka na ha agụghị ya ma mata usoro iwu asụsụ Igbo.

Ndị gọọment mekwuru ka asụsụ Igbo bụrụ ihe nleghara anya n'etiti ụmụ akwụkwọ site n'ime ya ka ọ ghara ịbụzi iwu n'ule WAEC na NECO.

Nsogbu a sitere n'aka ndị gọọmentị na ndị ọchịchị ndị n'enyeghị asụsụ Igbo ezi nkwado site n'iguzobe akwụkwọ iwu siri ike ga-akwado ka ndị Igbo niile jiri asụsụ Igbo mere asụsụ mmekọrịta n'oge agụmakwụkwọ, imebe iwu n'ụlọ ikpe, azụmahịa dg. Ọzọkwa bụ na ndị gọọmentị enweghị ezigbo ohere ọrụ ngo nke onye mere amụmamụ asụsụ na omenala Igbo.

**Nsogbu sitere n'aka ndị nne na nna**

Nsogbu amaghị asụ na amaghị ede sitere n'aka ụfọdụ ndị nne na nna. Ọtụtụ ndị nne na nna anaghị asụrụ ụmụ ha asụsụ Igbo. Ha enweghị mmasị n'asụsụ Igbo kama ha na-asụrụ ụmụ ha asụsụ Bekee. Ha na-eche na ọ bụ ụmụ aka na-asụ asụsụ Bekee bụ ndị ka mara akwụkwọ. Nke a mere na ọtụtụ bụ ndị nọ n'ala Igbo wee tolite mana asụsụ Igbo ekweghị ha asụ. Ha anaghịkwa aba ụmụ ha aha Igbo dị ka Nkechinyere, Uchenna, Ọlụọmachukwu dg nwere mpụtara kama ha na-abazi ụmụ ha aha Bekee ha amaghị ihe ọ pụtara.

**Nsogbu sitere n'olundị**

Nsogbu ọzọ bụ nke ọtụtụ olundị dị iche iche e nwere n'ala Igbo wetara. Olundị ndị a dị iche iche na-emegharị ụmụ akwụkwọ anya ma n'ọsụsụ ma n'odide asụsụ Igbo. Olundị a mụnyere nwatakịrị na ya ga-eme ya ka ọ ghara ịmụta Igboizugbe bụ asụsụ Igbo ọhaneze nabatara.

**Nsogbu sitere na gburugburu ebe nwata toro**

Ọtụtụ ụmụ aka bụ ndị a mụrụ na mba ọzọ maka oke emem njem dị n'etiti ndị Igbo. Mgbe nne na nna nọọrọ na mba ọzọ wee zụọ ụmụ ha, asụsụ nne ụmụ aka ahụ na-eri mperi. Gburugburu nwata nọ na ya wee too so ebute amaghị, asụ na amaghị ede n'etiti ụmụ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka. Nwata ọ bụla n'anọghị n'ala nna ya wee gafee afọ iri na atọ agaghị enwenwuzi ike ịsụ asụsụ nne ya bụ asụsụ Igbo. Ihe na-akpata nke a bụ na asụsụ a na-asụkarị na gburugburu nwata ahụ nọ na ya wee too na-emetụta asụsụ nne e ji mụọ nwata.

**Nsogbu sitere n'aka ndị Igbo niile**

Ndị Igbo ụfọdụ na-enwekarị mmasị n'ọmụmụ na ọsụsụ asụsụ mba ọzọ karịa nke ha maka echiche ha, na-agwa ha na ọ bụ ndị na-asụ Bekee maara ihe ekwe na-akụ. O nweghị ka onye Igbo kwụọ okwu ugbua n'etinyeghị ya asụsụ Bekee. Ọtụtụ ajụjụ ọnụ ndị nchọcha gbara ụmụ akwụkwọ na-ezipụta nke a. Ọmụmaatụ: a jụọ mmadụ kedụ, kama ọ ga-aza na ọ dị mma, ọ zaa onye jụrụ ya 'fine'. Ọzọkwa, n'ọtụtụ ọgbakọ ndị Igbo ugbua na-abụkarị n'asụsụ Bekee ka e ji ebido ma werekwa ya mechie ya. Ihe ọ fọdụrụ n'ọgbakọ n'ala Igbo bụ iji asụsụ Bekee we waa ọjị mana nke ahụ agaghị ekwe omume maka na ndị Igbo kwuru okwu na ọjị anaghị anụ asụsụ Bekee

**Ọghọm amaghị ede na amaghị asụ asụsụ Igbo wetere n'omenala asụsụ Igbo**

Ọghọm amaghị ede na amaghị asụ asụsụ Igbo wetere n'omenala na asụsụ Igbo dị ọtụtụ maka na o mere ka asụsụ Igbo na-ala azụ karịa asụsụ ndị ọzọ dị na Naịjịrịa.

Ọghọm pụtakarịsịri ihe amaghị asụ na amaghị ede wetara n'asụsụ na omenala Igbo bụ na anaghị enwezi ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ n'ibe ya. Ndị Igbo abụọ anaghị akparịtazị ụka ugbua n'etinyeghị asụsụ Bekee maka na asụsụ Igbo a naghị aga ha were were n'ọnụ

Ọghọm ọzọ bụ na a bịa n'asụsụ Igbo ugbua, ọtụtụ ndị odee anaghị enwe mmasị n'iji asụsụ Igbo dee ihe ma nke a na-ede n'akwụkwọ ma nke a na-etinye na intanetị nke na-enye ọtụtụ ndị mmadụ na-eme nchọcha n'asụsụ Igbo nsogbu n'ime nchọcha maka na o nwekabaghị ihe ha ga-enweta wee mee nchọcha. Nke a mere asụsụ Igbo na omenala ka ọ na-anwụ anwụ.

Ọghọm ọzọ bụ na ndị mmadụ amakwaghị ihe bụ omenala n'ihi mmasị ha enweghị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Omenala agbụrụ nwụọ, asụsụ agbụrụ ahụ na-anwụkwa maka na asụsụ bụ omenala, omenala bụrụkwa asụsụ. Amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo mere ka asụsụ Igbo ghara ịnọ ebe o kwesịrị ịnọ taa. Mgbe asụsụ ọ bụla nwere ndị ma asụ ya na ndị ma ede ya, ọ ga-eme ka asụsụ ahụ gaa mba dị iche iche ma nọrọ n'ogo dị elu nke ga-eme ka ndị

mmadụ na-enwe mmasị n'asụsụ ahụ. Mana ọ dighị otu a n'asụsụ Igbo maka na o nweghizi ndị Igbo chọrọ ịmụ asụsụ ha nke mere ka asụsụ ha na-efu na mba. Ọ bụrụ n'onweghị ihe e mere ya, asụsụ Igbo ga-anwụ kpamkpam.

N'ihi amaghị asụ na amaghị ede, mere ka asụsụ Igbo bụrụ ihe siri ike nye ndị nwere mmasị n'ịmụ ya na ndị nwere ịhụnanya n'ebe asụsụ Igbo nọ.

Ọtụtụ ndị na-asụkarị asụsụ Igbo bụ Olundị ka ha na-asụ, a bịazie n'odide, mmejo na ndejo eju ebe niile. N'ihi amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo, ọtụtụ ndị Igbo amaghịzị agụ ọnụ ọgụgụ n'Igbo. Ị sị nwatakịrị Igbo gụọ ihe ọnụ, o bido na'waanụ', 'tu', 'tịirị' dg n'amaghị na ọ bụ otu, abụọ, atọ dg.

A bịa n'ụfọdụ ọgbakọ e jisi ike hiwe n'asụsụ Igbo, onye ọ bụla amaghị asụ asụsụ Igbo agaghị enwe ike ikwunwu okwu maka amaghị asụ na amaghị ede. Nke a na-ebutekwa oke ndọghachị azụ n'ihe a na-eme. N'ihi amaghị asụ na amaghị ede, e nwekabezighị egwu a gụrụ n'Igbo n'oge ugbua. Ọtụtụ bụ ihere ka asụsụ Igbo na-eme ha n'ọnụ, ọtụtụ bụ na ha amaghị asụ. Nsogbu a butekwara na ọtụtụ ihe anyị ji akwalite ewumewu anyị n'ala Igbo anwụọla dị ka akụkọ ifo. O nweghizi nwatakịrị maara akụkọ ifo n'oge ugbua naanị ihe nkiri onyonyo ka ha na-elelezi. Ndi Igbo amaghị nri ndị Igbo naanị ihe ha na-enwe mmasị na ya bụ nri ndị ọcha. Ihe ndị a bụ ọghọm amaghị asụ na amaghị ede wetara n'ala Igbo.

**Uru asụsụ Igbo baara nwatakịrị Igbo ọ bụla maara asụ ma na-edekwa asụsụ Igbo**

Ọ dị ọtụtụ uru nwata maara asụ ma na-ede asụsụ Igbo na-erite.

Nwata ọ bụla maara asụ makwara ede Igbo ga-eme nke ọma n'ule ma ọ bụ nnwale ọ bụla e nyere ya ka o mee n' asụsụ Igbo. Ọ gaghị enwe ụjọ mgbe ọ na-eme ya. N'asompi asụsụ Igbo ọ na-eme nke ọma na ya. Nwata ahụ ga-abụ a kwaa a kwụrụ n'asụsụ Igbo. ọ gaghị na-enwe ihe mgbakasị ahụ n'ọmụmụ asụsụ Igbo maka na ọ ma asụ marakwa ede.

Nwata ọ bụla maara asụ na-edekwa asụsụ Igbo, ga-enweta ọrụ n'ebe dị iche iche dị ka n'ụlọ mgbasa ozi, ịdị na-agbasa ozi n'asụsụ Igbo nke a na-achọkwa onye ga-eme ya. Ọ ga-enwetakwa ọrụ onye ome ntụgharị dị ka isite n'asụsụ Bekee mee ntụgharị n'asụsụ Igbo. O nwekwara ike ịrụkwa ọrụ nkuzi n'ogo ụlọ akwụkwọ di iche iche.

Nwata Igbo ọ bụla maara asụsụ ya, agaghị anọ ka ọbịa n'ala Igbo. Nke ọ bụla a na-eme ọ ga-esonye, ọ gaghị abụ ofeke. Ọ ga-ama omenala ndị Igbo nke ọma. Ụdị onye a agaghị efukwa na mba maka na ọ maara ebe o si pụta. Onye Igbo maara asụ mara na-edekwa asụsụ ya nke oma ga-edenwu akwụkwọ agụmagụ dị iche iche ma bụrụ onye odee a maara nke ọma maka etu o si eji asụsụ Igbo edepụta ihe. Ọmụmatụ Chinedum E. Ofomata, Chukwudi Anozie dg. Ha bụ ndị Igbo a maara nke ọma maka etu ha si ezipụta akwụkwọ ọgụgụ ha dị iche iche site n'iji atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ dị iche ezipụta ya. Asụsụ Igbo mere ha ihe ha bụ taa.

Mmadụ na-enwe obi aṅụlị mgbe ọ bụla ọ maara asụ marakwa ede asụsụ ya. Ọ na-esite na ya na-akpali mmụọ ndị ọzọ ịmụ na ịsụ asụsụ ahụ. Onye maara asụsụ Igbo nke ọma ga-

amakwa omenala na ọdịnala Igbo ma marakwa ihe bụ nsọ na arụ. Aha ya ga na-edekwa na mba dị iche iche.

Onye maara asụ na-edekwa asụsụ Igbo nwere ike site n'egwu ọ na-agụ, n'akwụkwọ ọ na-ede, na ihe dị iche iche ọ na-eme maka ịkwalite asụsụ Igbo na-enwe ego. Ndị dị otu ahụ bụ Mike Ejeagha, Ozoemena Nsugbe, Afam Ogbotogbo dg, ndị a bụ ndi na-eti egwu ọdịnala Igbo dị iche iche. Ọ bụkwazi site n'egwu ha na-eti ka aha ha si wee pụtawa ihe n'ala Igbo.

N'aka nke ọzọ ndị odee sikwa n'ụzọ dị etu ahụ na-enwekwa ego maka na ha maara asụ marakwa na-edekwa Igbo. Ndị odee asụsụ Igbo gụnyere: F. C Ọgbalụ lagoro mmụọ, Tony Ubesie, Goddy Onyekaọnwụ, Ude Ọdịlọra, E. N Emenanjọ na ọtụtụ ndị ọzọ.

**Nchọpụta**

N'ihe gbasara nkọwa amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo, a chọpụtara na ọ bụ ya kpatara na asụsụ Igbo anaghị aga n'ihu ka asụsụ ndị ọzọ. Nkọwa na-ezipụtakwa na amaghị asụ asụsụ Igbo bụ mgbe mmadụ enweghị ike ịhazi Igbo izugbe ma bubata ya n'ihe ọ na-asụ n'asụsụ Igbo nke na onye ọ na-agwa ga-aghọta ihe ọ na-ekwu.

N'aka nke ọzọ, nchọpụta mere ka a mara na amaghị ede asụsụ Igbo bụ mgbe mmadụ enweghị ike itikọtanwu mkpụrụ asụsụ Igbo ọnụ wee mee ezigbo mkpụrụ okwu dabara adaba n'asụsụ Igbo site n'ịgbaso usoro iwu odide Igbo. Nchọpụta kọwakwara na amaghị ede bụ ya na-ezipụta ndejọ n'asụsụ Igbo. Ndejọ asụsụ Igbo na-apụta ihe mgbe onye ahụ n'agbasoghị iwu usoro odide asụsụ Igbo.

Nchọpụta mere ka a mata na ọ dị ọtụtụ ihe na ọtụtụ ndị butere amaghị asụ na amaghị ede asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka. Ndị mbụ o si n'aka bụ ndị nne na nna, ndị gọọmenti, ndị isi ụlọ ụka, gburugburu nwata nọ na ya wee to na enyeghị ọmụmụ asụsụ Igbo ezi nkwado site n'aka ndị Igbo. Nchọpụta ọzọ gosiri na amaghị ede na amaghị asụ asụsụ Igbo wetara ọtụtụ ọghọm nye asụsụ Igbo na omenala ụfọdụ. O mekwara ka asụsụ Igbo ghara ito eto.

Uru nwata maara asụ asụsụ ya ma marakwa ede ya na-erite na ya buru ibu. Nwata ahụ ga-abụ akwaa akwụrụ n'asụsụ ahụ. Onye ahụ ga-abụkwa onye a maara aha ya n'iwulite omenala na asụsụ Igbo. Ọrụ dị iche iche kwu eche nwata dị otu ahụ dị ka ọrụ nkuzi, nta akụkọ, ịbụ ode na ọtụtụ ọrụ ndị ọzọ.

**Aro**

Arọ ndị nchọcha tụpụtara iji mee ka nsogbu amaghị ede na amaghị asụ asụsụ belata n'ebe ụmụ akwụkwọ nọ gụnyere: Ndị nne na nna kwesịrị iji asụsụ Igbo na-akụziri ụmụ ha ihe, na-ezi ha ozi ma na- agụkwa ha aha Igbo dị iche iche ka ụmụaka ahụ mara na ha bụ ndị Igbo. Ka ndi ọchịchị ndị bụ ndị Igbo, nye iwu ga-akwalite, amụmamụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Praịmarị na Sekọndịrị. Ka ndị Igbo gbaa mbọ iguzobe ụlọ mgbasaozi maka naanị asụsụ Igbo ka o wee nyere ndị gụrụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ Mahadum aka maka nchọta ọrụ mgbe ha gụsịrị,

**Mmechi**

Asụsụ dị nnukwu mkpa na ndụ mmadụ n'ihi na ọ bụ n'asụsụ ka mmadụ si ezipụta ebumnobi, mmetụta na echjche ya n'ebe ndị ọzọ nọ. Ọ bụghị ihe ziri ezi na mmadụ agaghị ama etu esi asụ ma na-edekwa asụsụ ya. Onye amaghị asụ, amakwaghị ede asụsụ ya tufuru nnukwu ihe na ndụ ya. Onye ọ bụla kwesiri ịma ka e si asụ na ka esi ede asụsụ ya iji kwalite asụsụ ya mee ya ka ọ ghara ịnwụ.

**EDENSIBỊA**


Anozie C.C (1999). *Lingwistiiki sayensị asụsụ*. Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Chukwuma, N.C. (2014) "*Ọnọdụ asụsụ Igbo n'ụlọ akwụkwọ sekọndịrị namkpobi ụkwụ ọna-ewetara ọmụmụ asụsụ Igbo na mahadum*".

Crystal, C. C. (1971). *Linguistics.* London: Hazell Watson and Viney

Emenanjọ, E. N (1991) *Nchịkọta asụsụ na ụtọ asụsụ Igbo izugbe*. Lagos: Longman

Johnson, S. (1979). *A dictionary of English language.* London. Times books.

Littlewood, (2000). *Oral and written communication.* London: Longman.

Obidiebube, J. I (2009) *Ndubanye n'ọmụmụ ọlụ asụsụ Igbo.* Onitsha: Auschaki Int'l Publishers

Ogbalu, F.C (1967). *Standard Igbo path to it's development.* Onitsha: Versity Industrial Press.

Onuọra, J. C (2009). *Usoro ọmụmụ Igbo*: Onitsha Patmonic Printeres & Publishers.

Onuọra, J. C (2015). *Usoro ọmụmụ Igbo*: Onitsha Patmonic printers & Pub.

Oraka, L.N. (1983). *Fundamentals of Igbo studies (A Short History of the Igbo study of languages and culture).* Onitsha: University Press.

Onwuejeogwu, M.A. (1981). *An Igbo civilization: Nri kingdom and hegemony.* London: Ethiope Publishing Corporation.

Ume, A.C. (2014). *'Ndejọ ụtọasụsụ Igbo; etu ọdị n'etiti ụmụ akwụkwọ na-amụ asụsụ Igbo na Mahadum Nnamdi Azikiwe, Ọka'*

West, M. (1981). *The New English dictionary.* Great Britain: Longman.

# Mwepụ n’Olu Ọka n’Usoro Ụtọasụsụ Nnwogharị

Chiamaka Helen Akabogu

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Nzikọrịta Ozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Email: chiamakaakabogu@gmail.com

&

Christian E. C. Ogwudile (PhD)

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Nzikọrịta Ozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

Email: cec.ogwudile@unizik.edu.ng

**Ụmị edemede**

Mwepụ bụ ụdị nnwogharị nke na-eme ka mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu dịbu na ndokọ omimi ahịrịokwu ghara ịpụta na ndokọ elu nke otu ahịrịokwu ahụ. Nchọcha a lebara anya n’ụdị mwepụ dị iche iche na-apụta n’olu Ọka. Ihe kpalitere mmụọ nwa nchọcha ileba anya n’isiokwu a bụ na e nwebeghi ọtụtụ nchọcha e merela n’isiokwu a mbụ. Ebumnobi nchọcha a bụ iji usoro ụtọasụsụ nnwogharị wee ileba anya ma tụpụta ụdị mgbanwe dị iche iche metụtara ụtọasụsụ na-adapụta n’olu Ọka. Ọzọ bụ ịchọpụta ka olu Ọka si ahazi mkpụrụokwu na ndokọ okwu, ọ kachasị mgbe ọ na-ezipụta mwepụ mkpụrụasụsụ, mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu. Nchọcha a bụ nchọcha kesọvee, a gbasokwara usoro atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị nke Noam Chomsky wee mee ya. Na nchọcha a, a chọpụtara na mgbanwe pụtara n’olu Ọka dị ka o si pụta n’olu Igbo Izugbe. A chọpụtakwara na ụfọdụ irighiri okwu dị na ndokọ omimi na-apụ na ndokọ elu nke ahịrịokwu n’ihi nnwogharị nke ahịrịokwu ahụ gabigara. Nchọcha a ga-abara ọtụtụ ndị uru, ọ kachasị ndị amụmamụ ụtọasụsụ Igbo. Nwa nchọcha na-atụkwazị aro ka e were usoro ụtọasụsụ nnwogharị lebakwuo anya n’olu asụsụ Igbo dị iche iche iji bawanye ngwa ọmụmụ asụsụ Igbo.

**Okwu Mmalite**

Nchọcha a lebara anya na mwepụ dị iche iche na-apụta n'olu Ọka site n'usoro ụtọasụsụ nnwogharị. Ụtọasụsụ nnwogharị bụ usoro nseke asụsụ nke na-egosi mmekọrịta dị n'etiti ihe a chọrọ ikwu na etu e si kwuo ya. Ọ na-eme nke a site n'inyocha etu asụsụ si aga n'ụbụrụ mmadụ, etu e si chịgharịa ya n'ụbụrụ na etu e si sụọ ya. Usoro ụtọasụsụ a na-emetụta aka na mmekọrịta dị n'etiti asụsụ na ụbụrụ mmadụ. Ọ na-agakwa n'ihu kọwaa etu otu mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu si bụrụ ahịrịokwu zuru ezu site n'izipụta ogo ndokọ omimi nke mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu ahụ.

Usoro ụtọasụsụ a na-eme nseke ya site n'izipụta ogo ndokọ omimi na ogo ndokọ elu nke ahịrịokwu. Ogo ndokọ omimi bụ ebe ọ na-ezipụta etu e si chịgharịa asụsụ n'ụbụrụ tupu a sụọ ya ebe ogo ndokọ elu bụ etu e si sụọ ya. N'usoro ụtọasụsụ nnwogharị, e nwere ụdị nnwogharị dị iche iche ma na nchọcha a, a ga-ezipụta naanị etu mwepụ si apụta n'olu Ọka. Mwepụ bụ ụdị nnwogharị nke na-eme ka mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu dịbu na ndokọ omimi ahịrịokwu ghara ịpụta na ndokọ elu nke otu ahịrịokwu ahụ. Na nchọcha a, e zipụtara ma kọwaa ụdị mwepụ dị iche iche ma wekwara ezi ọmụma atụ kọwaa ndokọ elu na ndokọ omimi nke ahịrịokwu. A gbasokwara usoro ịkanye akara ụdaolu nke ọdịnala wee zipụta ọmụma atụ n'olu Ọka.

**Ntulegharị agụmagụ**

Ebe a ka a ga-enye nkọwa ndị odee dị iche iche nyere gbasara asụsụ, olu ndị, ụtọasụsụ, nnwogharị, mwepụ na atụtụ ụtọasụsụ nnwogharị.

Asụsụ bụ ụmị ntụgharị uche mmadụ na ibe ya. Mmadụ ịsape anya mara ihe na-aga n'ụwa na mgbe o ji aga anaghị adị mfe ma e jighi asụsụ (Umeodịnka na Ugochukwu, 2016). Ya bụ na asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya hibere ha si enwe mmekọrịta. N'ihi nke a, Anagbọgụ, Mbah na Eme (2010) na-ahụ ya ka ụzọ mmadụ wepụtara ha ga-eji na-enwe mmekọrịta, na-ekwupụta echiche na ebumnobi ha, ọchịchọ na ihe ndị ọzọ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Ọfọmata (2012) na-ekwu na ọ bụrụ na asụsụ adịghị, mmadụ na mmadụ ibe ya inwe mmekọrịta ga-ahịa nnukwu ahụ, na ọ bụ asụsụ ka e ji eme ihe dum mmadụ na ibe ya na-eme.

Seinde (1985) na-ekwu na asụsụ bụ ihe kacha mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Prasad (2014) na-ahụkwa asụsụ ka usoro nzirịta ozi site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Ofọegbu (2008) na-ahụtakwa ya dị ka ụzọ naanị mmadụ na ibe ya si enwe mmekọrịta.

Umeodịnka (2020) gara n'ihu na-ekwu na asụsụ dị ka ụzọ mmadụ mebere ya na ibe ya ga-eji na-ezipụta ebumnobi na ọchịchọ ha site n'ụdaasụsụ nke e ji njiakpọ emepụta. Site na nkọwa ndị a, a ga-ahụ na asụsụ bụ mmadụ nwe ya na ọ bụghị anụ ọhịa. Asụsụ anọkataghị dị, o nwere ndị mebere ya (Umeodịnka, 2020). Asụsụ bụkwa ngwa nzirita ozi, o nwere ike bụrụ n'ụdị akara ma ọ bụ ọdịmara, mana ihe kacha pụta ihe bụ na onye e zigaara ozi nụrụ ma ghọta ozi e ziri ya (Akabogu, 2019). Na nkọwa nke ya, Anọzie (1999) na-akọwa na asụsụ dị ka ụda sitere n'olu mmadụ nwere nghọta mgbe ọgan okwu dị iche iche megharịrị ahụ n'ụzọ dị iche iche. Crystal (1971) na-akọwakwa ya dị ka ụda olu mmadụ a haziri ahazi n'ụdị ọdịmara nke abụghị

ebumpụta ụwa mmadụ n'onwe ya mebere e ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ edemede.

Fromkin, Rodman na Hyams (2011) na-eme ka anyị mata na mgbe ọ bụla mmadụ na ibe ya bịakọrọ ọnụ, ma ha akpara nkata, ma ha alụrụ ọgụ, na ha ga-ekwuriri okwu. Ha gara n'ihu na-ekwu na anyi bi n'ụwa asụsụ. N'igosi mkpa asụsụ dị, ha tụpụtara otu agbụrụ dị n'Afrịka ndị ejighi nnwa a mụrụ ọhụụ kpọrọ ihe, ha anaghị agụnye ya na mmadụ ganye na o bido kwube okwu. N'ime asụsụ dị iche iche a na-asụ n'ụwa, e nwere olu dị iche iche e ji asụ ya. A bịa n'asụsụ Igbo, e nwere olu asụsụ dị iche iche nke gunyere: olu Ọka, olu Ọnịcha, olu Izii, olu Ezeagụ, olu Nsụka, olu Owere, olu Asaba. Hudson (1980) na-ekwu na olu asụsụ malitere na Grik mgbe e nwere ọtụtụ olu dị iche iche e ji asụ klasikal Griis. Olu ndị a niile dịgbado iche n'ụdị mkpụrụokwu ma n'ahịrịokwu. Canochan na Iwuchukwu (1963) n'ime Ndimele (2016) na-eleba anya na mgbanwe a na-enwe n'asụsụ dị ka ọ dị n'asụsụ ọ bụla. Dị ka ha siri chọpụta, okwu a bụ "*ahụ*" n'Igbo izugbe ka ndị Ọka na-akpọ "*arụ*", na-akpọ ya "*ashụ*" n'Asaba, "*esu*" n'Abọ (akụkụ Delta) na "*ehyụ*" n'Agbọ. N'ihi nke a ka Hornby (1974) ji ahụ olu asụsụ dị ka ụdị asụsụ nwere ọtụtụ okwu e depụtara n'usoro na mkpọpụta, otu ndị bi n'akụkụ obodo ji akparịta ụka. Ezeụmụdọ (1985) na-akọwa ya dị ka olu ndị ahụ dịgasị iche iche mba dị iche iche ji asụ otu ụdị asụsụ. Ọ gara n'ihu na-ekwu na ọ bụghị otu olu ka e ji asụ asụsụ, kama na ọ bụ olu ndị a ka e ji amata mba dị iche iche. Anọzie (1999) na-akpọ ya olu asụsụ ma na-akọwa ya dị ka asụsụ ndị ime obodo nke mkpọpụta okwu ya nwere ọtụtụ ndịiche n'okwu e depụtara n'usoro nke ndị na-asụ ya bikọrọ ọnụ n'otu ogbe. Asụsụ ọ bụla nwere ụtọasụsụ.

Ụtọasụsụ bụ ọmụmụ gbasara mkpụrụokwu na iwu na-achịkwa mmebe mkpụrụokwu na mmekọrịta dị n'etiti mkpụrụokwu na ibe ya n'ahịrịokwu. Hartwell (1987) na-ekwu na ụtọasụsụ bụ usoro doro anya e si etinye mkpụrụokwu nke asụsụ n'ahịrịokwu, iji nye nghọta a chọrọ. Ọ na-ekwukwa na ọ bụ alaka sayensị asụsụ na-eleba anya na nkọwa, nseke na mmebe usoro iwu nke asụsụ. Neuleib n'ime Hartwell (1987) na-ekwu na ụtọasụsụ bụ usoro a haziri ahazi nke ndị nwe asụsụ ahụ maara n'onwe ha.

Richards (2020) na-ekwu na ụtọasụsụ bụ usoro iwu a haziri ahazi e ji emebe ahịrịokwu nke metụtara aka n'ọmụmụ nkejiasụsụ dị iche iche, tensị, nkebiokwu na nkebiahịrị. Site na nkọwa Richard (2020), a ga-ahụ na ụtọasụsụ metụtara aka n'ihe niile gbasara asụsụ dị ka ngwa nzirita ozi. Ọ bụ n'ihi nke a ka Hirai (2010) n'ime Richard (2020) ji ekwu na ụtọasụsụ bụ ụzọ e si ahazi ahịrịokwu ma si na ya mebe asụsụ dị mma. Ụfọdụ ndị odee hụtakwara ụtọasụsụ dị ka atụtụ nke a na-agbaso were emebe asụsụ. Ndị dị ka Gerot na Wignal (1994) na-ekwu na ọ bụ atụtụ asụsụ nke na-egosi usoro e si achịkwa asụsụ.

Scott (1999), n'uche nke ya na-ekwu na ọ bụ nseke ahịrịokwu nwere nghọta. Ur (1991) na-ekwu na ọ bụ mmebe mpụtara nke sitere na njikọ mkpụrụokwu dị iche iche. Crystal (2004) bụ onye nyere nkọwa pụrụ iche, ọ na-ekwu na ụtọasụsụ bụ ụzọ e si akọwapụta mmetụta obi site n'usoro ọdịdị asụsụ. Nkọwa Chomsky (1957) gbasara ụtọasụsụ pụrụ iche. Ọ na-ekwu na ụtọasụsụ bụ amụmamụ zuru oke n'onwe ya n'enweghi ngwakọnye amụmamụ nghọta n'ime ya. Ọ gara n'ihu na-akọwa ụtọasụsụ dị ka usoro iwu, ụkpụrụ, na mmebere asụsụ.

Site na nkọwa ndị odee ndị a, a ga-ahụ na ụtọasụsụ metụtara aka n'usoro mmebe okwu na ahịrịokwu. Ọ na-egosikwa usoro asụsụ nwere ike isi mepụta nghọta dị adị. A na-ahụtakwa nnwogharị dị ka mgbanwe ọdịdị ahịrịokwu n'emetughi aka na mpụtara ya. E nwekwara ike site na nnwogharị mebe mkpụrụokwu ndị ọzọ dị iche iche. Ọ bụ ya mere Bolton (1982) ji ekwu na usoro ụtọasụsụ kennwogharị nke Chomsky mebere bụ nke nwere iwu e ji emebe ahịrịokwu ọhụrụ na ọ bụghị maka ịtụcha ahịrịokwu dị adị. Ọ na-ekwukwa na o nwere iwu e ji agbanwe ahịrịokwu ka o si n'otu ụdị banye n'ụdị ọzọ (si n'ahịrị nkwe banye n'ahịrị njụ ma ọ bụ site n'ahịrị mfe banye n'ahịrị mgbagwo). Ọ bụ nnwogharị na-eme ka mmekọrịta dị n'etiti ahịrịokwu ndị a doo anya. E nwekwara ike ịgbanwe otu akụkụ ahịrịokwu site n'ibugharị ọnọdụ isi ahịrị, nnara na orite n'ahịrịokwu. Ọ dịkwa mkpa ka a mata na mbugharị na mgbanwe ndị a bụ na ndokọ omimi nke ahịrịokwu ka ha na-apụta ihe.

Udemmadụ (2014) na-ahụta ndokọ omimi dị ka akụkụ ụtọasụsụ ebe a na-egosipụta ihe niile mere ka ekwurekwu nwee nghọta zuru oke. Mbah na Mbah (2014) na-akọwa ndokọ omimi dị ka ebe a na-egosipụta mkpụrụokwu na mgbakwunye ụtọasụsụ mejupụtara ahịrịokwu na mbido ya. Tomori (1977) na-ahụ ya ka ndokọ na nghọta omimi nke ahịrịokwu. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) chọpụtara na ndokọ omimi bụ akụkụ ụtọasụsụ ebe ihe niile na-eme ekwurekwu ka o nwee nghọta na-apụtacha ihe. N'ihi nke a, a ga-asị na ndokọ omimi bụ akụkụ ahịrịokwu zoro ezo, a naghị ahụ ya anya kama ọ dị n'uche tupu e kwupụta ya.

N'inye nkọwa nnwogharị nke ọma, Mbah na Mbah (2014) na-ekwu na nnwogharị gụnyere ibugharị okwu ma ọ bụ mkpụrụokwu site n'otu akụkụ ahịrịokwu gaa n'akụkụ ọzọ. Nnwogharị nwere ike ịbụ iwepu ma ọ bụ ibugharị ihe dị na ndokọ omimi ahịrịokwu ma mee ka ọ ghara ịpụta ihe ma ọ bụ gaa n'akụkụ ọzọ oge a na-akpọpụta ahịrịokwu ahụ. Nnwogharị bụkwa mgbanwe gburugburu nke mere ka ihe ahụ nwee ọnọdụ ka mma ma ọ bụ baa uru nke ukwuu (Emenanjọ, 1978). Site na nkọwa ndị a, a ga-asị na nnwogharị bụ ụdị mgbanwe na-apụta na ndokọ omimi ahịrịokwu nke metụtara aka n'usoro ndokọ na usoro nghọta ahịrịokwu.

Mwepụ bụ ụdị nnwogharị ebe a na-ewepụ ụfọdụ mpaghara dị na ndokọokwu. Ndimele (1999) na-ahụta "mwepu" dị ka usoro e si ewepu mkpụrụokwu ụfọdụ oge a na-enwe mgbanwe ma ọ bụ nnwogharị. Mbah na Mbah (2014) na-ahụta ya dị ka mgbanwe n'ụtọasụsụ nke na-eme ka okwu dịbu na ndokọ omimi ahịrịokwu pụọ, ma mee ka ọ ghara ịpụta ihe na ndokọ elu ahịrịokwu ahụ. Ha chọpụtara ntimiwu mwepụ site na mbugharị nnara na orite, na mwepụ site n'oyiyi nke metụtara mkpọaha na ngwaa. Agbedo (2000) na-ahụta ya dị ka iwepu akụkụ ụfọdụ na ndokọ omimi. Anagbogu, Mbah na Eme (2010) na-ewebata mgbanwe ọnọdụ nnara na orite, ebe Agbedo (2000) na-agbakwunye nkebiahịrị kenkọwa dị ka ihe so n'otu n'ime mwepụ e nwere.

Nwala (2004) na Anagbogu na ndị ọzọ (2010) kwekọrịtara na mgbanwe ọnọdụ nnara na orite bụ nke metụtara mgbanwe n'ọnọdụ nnara na nnapụta.

**Atụtụ nchọcha**

Atụtụ Ụtọasụsụ Kennwogharị bụ Chomsky wepụtara ya n'afọ 1957 site na mbipụta akwụkwọ nchọcha ya ọ kpọrọ *Syntactic Structures* n'asụsụ Bekee. Atụtụ a bụ usoro ụtọasụsụ nke

gbasoro usoro ụtọasụsụ kenkebiokwu ma gaa n'ihu lebaa anya na mgbanwe dị iche iche na-adapụta n'asụsụ tupu a sụọ ya. Ọ bụ nke a mere e ji ahụta usoro ụtọasụsụ a dị ka nke na-arụtụ aka na mmetụta ụbụrụ na asụsụ. Nke a bụ n'ihi na ọ na-atụ omimi ịchọpụta ihe ndị gabigara mgbe ụbụrụ na-achịgharị asụsụ.Tupu usoro atụtụ a apụta ihe, ahịrịokwu na-enwe naanị alaka abụọ: omee na ihe o mere. Agbedo (2000) na-ekwu na usoro ụtọasụsụ kenkebiokwu ezughi oke n'ihi na o nweghi ike ịkọwa ihe ndị mebere ahịrịokwu na ụdị ahịrịokwu ọ bụ nke ọma. Iji maa atụ, usoro ụtọasụsụ a enweghi ike ịkwu na ahịrịokwu bụ okwu ihu ma ọ bụ okwu azụ.

Mbah (2006) mere ka a mata na nnwogharị na-akọwa mmekọrịta dị n'etiti ogo ndokọ elu na ogo ndokọ omimi. Chomsky n'ime Ndimele (1999) na-ekwu na iji nnwogharị akọwa mmebere ahịrịokwu, na ahịrịokwu ndị mkpụrụokwu mebere ha eyiteghi, nwere ike isi n'otu ntọala ma nwee nghọta yitere onwe ha. Ntọala ahịrịokwu ndị yitere onwe ha na ndokọ elu nwere ike isite n'ahịrịokwu dị iche iche.

Kolln na Funk (1998) na-ekwu na amụmamụ gbasara ụtọasụsụ nwuuru oke ọkụ site n'usoro ụtọasụsụ kennwogharị. Ha na-ekwukwa na usoro ụtọasụsụ a chọrọ ikpughe ihe niile zoro ezo n'asụsụ site na ntụcha ogo ndokọ elu na ndokọ omimi nke ahịrịokwu. Ọ bụkwa atụtụ kacha mma e ji akọwa ahịrịokwu nke asụsụ n'ihi na ọ na-egosipụta ihe niile zoro ezo e ji mebe ahịrịokwu ahụ. Dị ka Williams (1999) siri dee, Chomsky (1957) ji usoro ụtọasụsụ kennwogharị wee dochie usoro ụtọasụsụ kenkebiokwu n'ihi na o nweghi ike inye ezi nkọwa gbasara asụsụ. Usoro ụtọasụsụ kennwogharị n'oge mbụ dị mfe n'ịkọwa asụsụ, o nyekwazịrị ụzọ dị iche iche e nwere ike isi ghọta asụsụ. Ma ka oge na-aga, ọ dịghịzị mfe etu e chere na ọ dị. Nke a butekwara mpụtaraukwu na nkọwa ahịrịokwu. Chomsky (1965) gbalịkwara ime atụtụ a ka ọ dị mfe, o mere ka ọ bụrụ atụtụ nsinuche nke mere ka o buwanye ibu ma hịa nnukwu ahụ. Williams mere ka a mata na mbọ niile Chomsky (1965) gbara enweghi nke nyere aka n'ibelata nsogbu atụtụ a n'ihi na o kweghi na ọ ga-ewepụ ogo ndokọ omimi ahịrịokwu nke bụ isi a hụrụ kwaba okpu n'atụtụ usoro ụtọasụsụ kennwogharị ma bụkwara ihe bulitere nsogbu ya niile.

## Ntụcha Nchọpụta

N'ebe a ka a ga-eleba anya kpọm kwem n'ụdị mwepụ dị iche iche na-apụta n'olu Ọka ma wekwara ezi ọmụma atụ tulekọrịta ya na Igbo izugbe. Mwepụ bụ ụdị nnwogharị nke na-ebute ndapụ ụfọdụ mkpụrụokwu oge a na-achịgharị asụsụ n'ụbụrụ. Ọ bụ ụdị nnwogharị na-adapụta n'ụtọasụsụ nke na-eme ka okwu dịbu na ndokọ omimi nke ahịrịokwu ghara ịpụta na ndokọ elu nke ahịrịokwu ahụ, site n'iwepụ otu mkpụrụokwu, nkebiokwu ma ọ bụ otu mpaghara ahịrịokwu. Ahịrịokwu na-apụta n'ụdị otu mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu ma na-ezipụtakwa nghọta a chọrọ.

Ụdị mwepụ anọ ndị a pụtara ihe n'olu Ọka:

- Mwepụ site na ntimiwu
- Mwepụ site n'oyiyi
- Mwepụ site na mbugharị nnara na orite
- Mwepụ site n'ọnọdụ amaghị onye

A ga-ewezi ha otu otu.

**Mwepụ site na ntimiwu**

Nke a metụtara iwepụ nnọchiaha onye nke abụọ. O nwere ike bụrụ mkpoolu ma ọ bụ ụbara. N'ebe a, ihe dị na ndokọ omimi anaghị adị na ndokọ elu mana mpụtara ya na-adaba n'iwu ụtọasụsụ ma na-enyekwa nghọta zuru oke. Ọ bụ naanị ihe e mere n'ahịrịokwu ahụ ga-apụta ihe na ndokọ elu ya.

Ọmụma atụ:

1a: Olu Ọka: Ọ́ ghà-àbịá táàtà. (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: Ọ́ ga-abịa taa. (ndokọ omimi)

1b: Olu Ọka: Bịa táàtà. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Bịa taa. (ndokọ elu)

2a: Olu Ọka: Ọ́ ghà-èjéfvé échï. (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: Ọ́ ga-apụ echi. (ndokọ omimi)

2b: Olu Ọka: Jèfvé échí. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Pụọ echi. (ndokọ elu)

N'ọmụma atụ ndị a, a ga-achọpụta na e wepụrụ nnọchiaha ndị malitere ahịrịokwu na ndokọ omimi ma wepụkwa nnyemaka ngwaa na-eso ya iji mebe ntimiwu.

3a: Olu Ọka: Nweke, fụọ nkáà. (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: Nweke, pụọ ebe a. (ndokọ omimi)

3b: Olu Ọka: Fụọ nkáà. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Pụọ ebe a. (ndokọ elu)

N'ọmụmaatụ 3b, e wepụrụ isiahịrị bụ Nweke na ndokọ elu.

**Mwepụ site n'oyiyi**

Mgbe nkebiokwu abụọ yitere onwe ha pụtara ugboro ugboro n'ahịrịokwu, a na-ewepụ nke kwesiri ekwesi iji mee ka kwunkwukwa ghara ịbata n'ahịrịokwu. E nwere ụdị mwepụ site n'oyiyi abụọ, ha bụ:

- Oyiyi nkebiokwu kemkpọaha
- Oyiyi nkebiokwu kengwaa

**Oyiyi nkebiokwu kemkpọaha**

Mgbe otu mkpọaha na-arụ ọrụ dị ka isiahịrị ma ọ bụ nnara, a na-ewepụ ndị kpe azụ na ha. A na-ewepụ nkebiokwu kemkpọaha gbara nje n’ime ahịrịukwu. A na-eme nke a iji belata kwunkwukwa.

Ọmụma atụ:

4a: Olu Ọka: Chinenye jèlù áfvịá góté ọgọdụ, àkpà nà ákpụkpọ ọkpà. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Chinenye gara ahịa zụta akwa, akpa na akpụkpọ ụkwụ. (ndokọ elu)

Na ndokọ omimi, ahịrịokwu a bụ ahịrịokwu anọ mana iji wepụ kwunkwukwa, e wepụrụ nkebiokwu kemkpọaha ma dekọta ha ọnụ ha bụrụ otu ahịrịokwu.

Na ndokọ omimi, ahịrịokwu a pụtara ahịrịokwu ndị a n’olu Ọka:

4b: Chinenye jèlù áfvịá.

Chinenye gòtèlì ọgọdụ.

Chinenye gòtèlì àkpà.

Chinenye gòtèlì ákpụkpọ ọkpà.

N’olu Izugbe, ọ ga-apụtakwa ahịrịokwu ndị a:

Chinenye gara ahịa.

Chinenye zụtara akwa.

Chinenye zụtara akpa.

Chinenye zụtara akpụkpọ ụkwụ.

5a: Olu Oka: Chinwendụ wụlụ àrụ, téé údé, ùlịọnụ nà ọtánjélé. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Chinwendụ sara ahụ, tee ude, uri ọnụ na ọtanjere. (ndokọ elu)

Na ndokọ omimi, ahịrịokwu a bụ ahịrịokwu anọ e dekọrọ ọnụ. Lee ha n’olu Ọka:

5b: Chinwendụ wụlụ àrụ.

Chinwendụ tèlù ùdé.

Chinwendụ tèlù ùlịọnụ.

Chinwendụ tèlùọtánjélé.

N’olu Izugbe, ọ ga-abụkwa ahịrịokwu ndị a:

Chinendụ sara ahụ.

Chinwendụ tere ude.

Chinwendụ tere uli ọnụ

Chinwendụ tere ọtanjere.

**Oyiyi nkebiokwu kengwaa**

Mgbe e nwere mkpọaha bụ ahaukwu na ndokọ elu, ọ na-egosi na e wepụrụ otu nkebiokwu kengwaa ma chịkọta ha ọnụ ha bụrụ otu ahịrịokwu. Nke a na-apụtakarị ihe n'ahịrịokwu abụọ ma ọ bụ karịa ha nhatanha.

Ọmụma atụ:

6a: Olu Ọka: Obi nà Ada vùlù ívù. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Obi na Ada buru ibu. (ndokọ elu)

N'ọmụma atụ ndị a, a ga-ahụ na ahịrịokwu a bụ ahịrịokwu abụọ ha nhatanha e dekọrọ ọnụ. Lee ndokọ omimi ya n'olu Ọka:

6b: Obi vùlù ívù.

Ada vùlù ívù.

Lekwa ndokọ omimi ya n'olu Izugbe:

Obi buru ibu.

Ada buru ibu.

N'ahịrịokwu ndị a, a ga-ahụ na e wepụrụ otu nkebiokwu kengwaa "buru ibu" nke mere ka ahịrịokwu ndị ahụ bụrụ otu ahịrịokwu.

Lekwa ọmụma atụ ndị ọzọ:

7a: Olu Ọka: Akụ nà ụkwà fvụ ífvé ólílí. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Akị na ụkwa bụ ihe oriri. (ndokọ elu)

Lee ndokọ omimi ha n'olu Ọka:

7b: Akụ fvụ ífvé ólílí.

Ụkwa fvụ ífvé ólílí.

Lekwa ha n'olu Izugbe:

Akị bụ ihe oriri.

Ụkwa bụ ihe oriri.

**Mwepụ site na mbugharị nnara na orite**

Mgbe a na-ebugharị nnara na orite, a na-ewepụ mbuụzọ dị na ndokọ omimi ahịrịokwu ahụ. Nke a na-apụtakarị ihe mgbe “maka”, “banyere” na “gbasara” na-arụ ọrụ ka mbuụzọ.

Ọmụma atụ:

8a: Olu Ọka: Ó dèlì létà gbàsálụ ọyịá. (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: O dere leta gbasara enyi ya. (ndokọ omimi)

8b: Olu Ọka: Ó deli ọyị á létà. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: O deere enyi ya leta, (ndokọ elu)

N’ebe a, nnara (leta) gbanwere ọnọdụ ya, na-esote ngwaa, ebe orite (enyi ya) na-esotezi nnara (leta)

9a: Olu Ọka: O gòtèlì ìyèrí màkà àdịá (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: Ọ zụtara iyeri maka ada ya (ndokọ omimi)

9b: Olu Ọka: O gòtèèlì àdịá ìyèrí (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Ọ zụtaara ada ya iyeri (ndokọ elu)

**Mwepụ site n’ọnọdụ amaghị onye**

N’ebe a, a na-ewepụ nnọchiaha a maghị onye ọ bụ na ndokọ elu. Nnọchiaha ahụ na “nwere” na-agakọ n’ahịrịokwu n’olu Izugbe ebe ya na “nwelu” na-agakọ n’olu Ọka.

Ọmụma atụ:

10a: Olu Ọka: Ó nwèlù ákwụ dụ n’úbì. (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: O nwere akwụ dị n’ubi. (ndokọ omimi)

10b: Olu Ọka: Akwụ dụ n’úbì. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Akwụ dị n’ubi. (ndokọ elu)

11a: Olu Ọka: Ó nwèlù nwókë bú nká à. (ndokọ omimi)

Olu Izugbe: O nwere nwoke bi ebe a. (ndokọ omimi)

11b: Olu Ọka: Nwókë bú nká à. (ndokọ elu)

Olu Izugbe: Nwoke bi ebe a. (ndokọ elu)

N'ọmụmaatụ 10 na 11, e wepụrụ nnọchiaha 'O' na ngwaa 'nwelu/nwere'

## Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha

Nchọcha a nke isiokwu ya bụ "Mwepụ n'olu Ọka site n'Usoro Ụtọasụsụ Nnwoghari" abịala n'isi njedebe. Site na nchọcha a, a chọpụtara ụdị mwepụ anọ n'olu Ọka, ha bụ: mwepụ site na ntimiiwu, mwepụ site n'oyiyi, mwepụ site na mbugharị nnara na orite na mwepụ site n'ọnọdụ amaghị onye. Na mwepụ site na ntimiiwu, a kọwara ma zipụta etu otu mkpụrụokwu ma ọ bụ nkebiokwu si bụrụ ahịrịokwu zuru ezu site n'izipụta ogo ndokọ omimi ya. E zipụtakwara etu e si emebe ntimiiwu site n'iwepụ mkpụrụokwu ụfọdụ n'ahịrịokwu. Mwepụ ndị a anaghịkwa ewepụ nghọta dị n'okwu. Na mwepụ site n'oyiyi, a chọpụtara na ọ dị agba abụọ, ha bụ: mwepụ nkebiokwu kemkpọaha na mwepụ nkebiokwu kengwaa. Na mwepụ nkebiokwu kemkpọaha, e zipụtara ma kọwaa etu ọtụtụ ahịrịokwu si bụrụ naanị otu ahịrịokwu na ndokọ elu site n'iwepụ mkpọaha dị n'isi ahịrị. Etu a ka ọ dịkwa na mwepụ nkebiokwu kengwaa. A na-eme nke a iji wepụ kwunkwukwa n'okwu. Na mwepụ site na mbugharị nnara na orite, e zipụtara etu e si wepụ mbuụzọ dị na ndokọ omimi ahịrịokwu nke mere ka orite nọdụ n'isi ahịrị ma ọ bụ n'etiti na ndokọ elu. Mwepụ site n'ọnọdụ amaghị onye bụkwa nke e ji ezi atụ wee kọwapụta. N'ebe a, e zipụtara etu e si ewepụ nnọchiaha amaghị onye ọ bụ na ndokọ elu nke ahịrịokwu. Mwepụ a anaghịkwa emetụ nghọta dị n'okwu.

## Mmechi

E mere nchọcha a iji gosipụta etu mwepụ si apụta ihe n'olu Ọka. O lebara anya na mwepụ n'olu Ọka site n'usoro Ụtọasụsụ Nnwoghari. Nchọcha a gbalịrị n'ịtụpụta ụzọ dị iche iche mwepụ si apụta n'olu Ọka ma zipụtakwa ọnọdụ ndokọ omimi na ndokọ elu ndị dabeere na nnwoghari mwepụ.

Na nchịkọta, nchọcha a mejupụtara ebumnobi ya nke bụ izipụta ụdị mwepụ dị iche iche na-adapụta n'olu Ọka site n'ịgbaso usoro ụtọasụsụ nnwoghari. A na-atụkwazị aro ka ndị ọ na-amasị ime nchọcha n'ụtọasụsụ Igbo, were usoro ụtọasụsụ nnwoghari nyochaa olu asụsụ dị iche iche iji chọpụta ụzọ olu asụsụ ahụ si pụọ iche n'olu asụsụ ndị ọzọ.

## Edensibịa


Agbedo, C. U. (2000). *General Linguistics: An Introductory Reader.* Nsukka: ACE Resources Consult.

Akabogu, C. H. (2019). Etu iji okwu Igbo asụ asụsụ si egosi ebe onye si n' *Odezuruigbo*. Vol. 3 No 1. Agulu: Thinkers Publishers.

Anagbogu, P.N., B.M. Mbah & C.A. Eme (2010). *Introduction to Linguistics*. Awka: Amaka Dreams.

Anozie, C.C. (1999). *Lingwistiiki Sayensi Asusu.* Nsukka: Fulladu Publishing Company.

Bolton, W. F. (1982). *A Living Language: The History and Structure of English.* Random House.

Chomsky, N. (1957). *Syntactic Structures*. The Hague: Mouton.

Chomsky, N. (1965). *Aspects of the Theory of Syntax.* Cambridge: MIT Press.

Chomsky, N. (1975). *Reflections on Language*. New York: Pantheon.

Crystal, D. (1971). *Linguistics.* Maryland: Penguin Books Inc.

Crystal, D. (2004). *The Language Revolution.* MA: Polity Press. E wetere na https://www.journals.eọuinoụpub.com. 20/02/2022

Emenanjo, E.N (1978). *Elements of Modern Igbo Grammar*. Ibadan: Oxford University Press.

Ezeumudo, M. O. (1985). *Nchịkọta Ọmụmụ Asụsụ Igbo.* Onitsha: Kawuriz and Manilas Publishers.

Fromkin, V, Rodman, R. & Hyams, N. (2011). *An Introduction to Language*. Wadsworth: Cengage Learning.

Hartwell, P. (1987). Grammar, Grammars and the Teaching of Grammar. *A Sourcebook for Basic Writing Teachers.* New York: Random House.

Hornby, A. S. (1974). *Oxford Advanced Learners Dictionary of Current English.* Oxford University Press.

Hudson, R. A. (1980). *Sociolinguistics.* Oxford: Cambridge University Press.

Kolln, M. & Funk. R. (1998). *Understanding English Grammar.* Allyn and Bacon.

Mbah, B. M. & Mbah, E. E (2014). *Atụtụ Amụmamụ Asụsụ.* Enugu: University of Nigerian Press.

Mbah, B. M. (2006). *GB Syntax: Theory and Application to Igbo.* Enugu: St. Jon- Afam Publications.

Ndimele, O. M. (1999). *A First Course on Morphology and Syntax.* Port Harcourt: Emhai Printing and Publishing.

Nwala, M. A. (2004). *Introduction to Syntax: The Student's Guide.* Abakaliki: Wisdom Publishers.

Ofoegbu, C. O. (2008). *Syntax: An Introductory Text*. Enugu: Malchpag publishers.

Ofomata, C. E. (2012). *Omenala na Odinala ndi Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Ozo-Mekuri, N. (2016). *Convergence: English and Nigerian Languages. Festschrift for Munzali A. Jibril.* Port Harcourt: M & J Grand Orbit Communications ltd & Emlai Press.

Prasad, T (2014). *A Course in Linguistics*. New Delhi: PHI Wearing publishers.

Richard, N. (2020, Aug, 26). English Grammar: Discussions, Definitions, and Examples. E wetere na https://www.thoughtco.com/whatisgrammar-1690909. 20/02/2022

Scott, T. (1999). *How to Teach Grammar.* England: Pearson Education.

Seinde, A. (1985). *Literary Appreciation*. Ibadan: Onibonoje Press and Book Industry Nig.

Tomori, S. H. (1977). *The Morphology and Syntax of Present-Day English.* Ibadan: Heinemann Educational Books.

Udemmadu, T. (2014). Nkuzi Sintaks na Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Nzikọrịta Ozi, Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka.

Umeh, I. N. (2018). Mwepu n'Utoasusu Asụsụ Igbo n'*Odezurigbo. An International journal of Igbo, African and Asian Studies.* Vol.1. 107-119.

Umeodinka, A. & Ugochukwu, C. (2016). Asụsụ Igbo dị ka Ngwa Ahịa n'*Odezuruigbo. An International journal of Igbo, African and Asian Studies 1st edition.*

Umeodinka, A. U. (2020). *Introduction to Contrastive Analysis.* Awka: Divine Press.

Williams, J. D (1999). *The Teacher's Grammar Book.* Mahwah: Lawrence Erlbaum Associates, Publishers.

# NTULEKỌRỊTA ỌDỊDỊỤDAASỤSỤ BEKEE NA NKE OLUNDỊ ỌNỊCHA IGBO: NSOGBU NYERE ONYE NA-AMỤ BEKEE DỊ KA ASỤSỤ NKE ABỤỌ

**Onwudiwe, Annastasia Nwanneka**

**Department Of Igbo, African and Communication Studies,**

**Nnamdi Azikiwe University, Awka**

**&**

**Christian E. C. Ogwudile**

**Department Of Igbo, African and Communication Studies,**

**Nnamdi Azikiwe University, Awka**

**Ụmịedemede**

Mkpa ọmụmụ asụsụ Bekee bara na Naịjirịa ugbu a, kpatara ndị Ọnịcha ji amụ ya dị ka asụsụ nke abụọ ha, mana n'agbanyeghị ogologo afọ a mụgoro ya, a chọpụtara na e nwere mbufee nke olunne n'ọmụmụ asụsụ nke abụọ. Ọ bụ ya kpatara isiokwu nchọcha a jiri bụrụ "Ntulekọrịta Ọdịdị Ụdaasụsụ Bekee na nke Olundị Ọnịcha Igbo: Nsogbu nyere Onye na-amụ Bekee dị ka asụsụ nke abụọ". Ebumnobi nchọcha a bụ ịmata ebe e nwere myiri na ndịiche n'ọdịdịụda asụsụ abụọ ahụ, tinyere ụdị nsogbu na-esite na ndịiche ọdịdịụda asụsụ abụọ apụta,. Usoro a ga-agbaso were mee nchọcha a bụ usoro nkọwa ma jiri atụtụ ntulekọrịta asụsụ Lado (1957) wee gbadoụkwụ. Nchọcha a chọpụtara na olu Ọnicha enweghị ụdaasụsụ ndị a: /n/, /ʒ:/ na /ə/, ọzọ na olu Ọnicha enweghị ụdamkpi dị ka /əu/, /ei/, /ɔi/. Ọzọkwa, ha enweghị ike ịkpọ ụdaeze ndị a: /ɵ/ na /ð/. Nwanchọcha na-atụ aro ka ndị Ọnịcha tinye uchu n'ọmụmụ asụsụ Bekee bịakwa na-arịọ ka gọọmenti lebaa anya n'iwe ndị nkuzi n'ọrụ ma hụ na ọ bụ ndị maara ihe ekwe na-akụ na lingwistiks bụ sayensị asụsụ.

**Ndubata**

Ọmụmụ asụsụ Bekee dị ka asụsụ nke abụọ bụ otu n'ime ihe ndị mba Briten hapụụrụ Naịjirịa mgbe ha chịchara. Ndị Ọnịcha nabatara asụsụ Bekee n'ihina Ọnịcha bụ obodo dị n'ọwụwaanyanwụ Naịjirịa nabatara ọtụtụ obodo dị iche iche na-asụkwa ọtụtụ asụsụ dị iche iche. Asụsụ Bekee bụrụzie asụsụ obodo niile a dị iche iche ji akpakọrịta dị ka otu, makana Onuigbo na Eyisi (2008) kwuru na e wepu na asụsụ Bekee na-anabata mmadụ niile n'agbanyeghị obodo ma ọ bụ omenala ndị ahụ si na ọgbaghara sitere n'aghọtaghi asụsụ kara ịdị na Naịjirịa ugbu a. Ọ bụ mkpa a kpatara onye Ọnịcha jiri amụ asụsụ

Bekee mana a chọpụtara na ọ na-enwe nsogbu mbufee nke sitere n'olunne ya. Ọ bụ ya kpatara nchọcha a jiri bụrụ itulekọrịta ọdịdịụdasụsụ Bekee na nke olundị Ọnịcha. Ebumnobi nchọcha a bụ ịmata ebe e nwere myiri na ndịiche n'etiti ọdịdịụdaasụsụ ndị a nakwa ụdị nsogbu na-esite na ndịiche dị n'etiti asụsụ abụọ ahụ apụta.

Usoro a ga-agbaso mee nchọcha a bụ usoro nkọwa. Nchọcha a ga-ejikwa atụtụ ntulekọrịta asụsụ Lado (1957) were gbado ụkwụ. O nweghị onye a gbara ajụjụ ọnụ ka a na-eme nchọcha a.

Iji hụ na nchọcha gara ọfụma, e kewara ọrụ a ụzọ anọ, nke mbụ bụ ndubata, ebe a akọwara isiokwu nchọcha a. Nke abụọ bụ ntulegharị agụmagụ ga, na ya a ga-eleba anya n'ọtụtụ akwụkwọ ndị e derela ndị metụtara isiokwu a, nke atọ bụ ntụcha nchọpụta, ebe a ka ga-atụcha ihe ndị a chọpụtara iji wepụta nchọpụta nchọcha a. N'ikpeazụ bụ nchịkọta nchọpụta nchọcha na mmechi.

**Nkọwa ọkpụrụkpụ isiokwu**

A ga-enye nkọwa banyere ọkpụrụkpụ okwu ndị a:

**Asụsụ nne**

Asụsụ nne bụ asụsụ mbụ mmadụ mụtara mgbe ọ dị na nwata nke na-abụzi ihe mmadụ ji eche echiche ma na-akparịtaụka. Adeyanju (1989: 33) kọwara ya dị ka asụsụ a mụnyere onye na ya ma bụrụkwa asụsụ ndị mụrụ onye ahụ na-asụ. Site na nkọwa nke Odewumi (2001), asụsụ nne bụ asụsụ nke nwata ji akparịta ụka, ezipụta echiche na mmetụta ya n'enweghị mmekpa ahụ. Nkọwa ndị a gosiri na asụsụ nne bụ ihe a mụnyere mmadụ na ya, nke a gosiri na mmadụ na asụsụ nne ya bụzi otu, ya bụ ihe dizi onye ahụ n'ime ọ ga-eji na-arụ ọrụ kwa ụbọchị. Olajaoke na ndị otu ya (1979) kọwara na ọ bụghị iwu na ọ ga-abụ olu nne na nna onye, kama ọ bụ asụsụ a na-asụ ebe a mụrụ nwata ahụ. Nke a pụtara na nwata a mụrụ n'obodo abụghị ebe a mụrụ nne na nna ya, ga-eji asụsụ mba ebe ahụ a zụrụ ya dị ka asụsụ nne ya. N'ihina asụsụ nne ahụ ebirila n'ụbụrụ mmadụ dị ka asụsụ o ji ebi ndụ ya mere ka o bufee ya n'asụsụ nke abụọ.

**Asụsụ nke abụọ**

Asụsụ nke abụọ dị ka Ofili, Chukwu na Anozie (2002: 105) siri kwuo bụ asụsụ ọbụla nke mmadụ lekwasịrị anya, gbakarie ala, ma tinye uche ya niile n'ịmụta. Nida naWonderly (1981: 195) kwuru na ndọrọ ndọrọ ọchịchị obodo a bụ Naịjịrịa ga-enwe nsogbu ma ọ bụrụ n'otu n'ime asụsụ atọ (Igbo, Awụsa na Yoruba) enwee nke gọmentị mere ka ọ bụrụ asụsụ ala Naịjịrịa niile ga na-asụ dị ka asụsụ ala ha. Nkọwa ndị a gosiri na ọ bụ nsogbu a mere e jiri were asụsụ mba Briten wetara mere asụsụ a na-asụ n'ala Naịjịrịa. Arnold (1972) kwukwara na obodo ọbụla e nwere asụsụ abụọ bụ obodo e nwere ọtụtụ asụsụ, e nweghị asụsụ n'ime ha e kpebiri ga-abụ asụsụ e ji mara mba ahụ mgbe ahụ e were asụsụ ọzọ mere asụsụ nke abụọ ha nke onye ọbụla ga-amụ. Ọ bụ na mkpebi ọmụmụ asụsụ nke abụọ ka ọmụụ asụsụ na-ebufe nke nne ya.

**Mbufee**

Mbufee bụ mmejọ asụsụ nke a na-ahụ oge asụsụ nne batara mgbe a na-amụ asụsụ. Dị ka Lott (1983) siri kọwaa, mbufee bụ ụdị mmejọ a na-enwe n'asụsụ abụghị asụsụ olunne mmadụ, mmejọ a bụ nke a na-ahụ site n'iwebata asụsụ nne mmadụ. Ellis (1997) kọwara na mbufee bụ nke a na-eme n'ihina ọmụụ asụsụ na-ewere ihe dị n'asụsụ nne ya etinye na nke abụọ, makana asụsụ nne bụ nke onye ahụ magoro ndụ ya niile bụ nke ọ machagoro ihe niile dị na ya kpatara ọmụụ asụsụ ga-eji were ihe dị n'asụsụ ya etinye na nke abụọ. Weinreich (1968) kọwara na e nwere ụdịrị mbufee atọ, ha bụ ọdịdịụdaasụsụ, usorookwu na ndokọokwu.

Mbufee ọdịdịụdaasụsụ bụ mburufe metụtara mmepụta ụdaasụsụ nke abụọ. Nke a dị ka Weinreich (1968) siri kọwaa bụ mburufe ọmụụ asụsụ na-eme site n'iwebata ọdịdịụdaasụsụ ya na mkpọpụta ụdaolu nne ya n'asụsụ nke abụọ. Ya bụ, iwere etu e si akpọpụta ụda n'asụsụ nne ya were na-akpọ nke Bekee. Oluikpe (1978) mere ka a mata na ọ bụ n'ihina usoro ihe niile gbasara asụsụ nne adịgo onye ahụ n'ụbụrụ mere o ji ewefe ya n'asụsụ nke abụọ. Nke a gụnyere usoro mkpọpụta ụdaume na mgbochiume ya nke asụsụ mbụ ya ka ọ ga-eburu fee n'asụsụ nke abụọ n'amaghị ụma.

**Atụtụ ntulekọrịta asụsụ**

Atụtụ nwa nchọcha ga-eji rụọ ọrụ bụ atụtụ ntulekorita asụsụ nke Lado (1957) hibere. Ntulekọrịta asụsụ dị ka Lee (1968) siri tupụta, nke mbụ bụ na ihe na-akpatara mmadụ nhịamaahụ na mmejọ n'ịmụ asụsụ ọhụrụ bụ mburufe na-esite n'asụsụ nne onye ahụ, nke abụọ bụ na ọ bụrụ na e nwere nnukwu ndịiche n'etiti asụsụ abụọ ahụ, ị mara na nsogbu a ga-enwe n'ịmụ asụsụ ahụ ga-adị nnukwu. Nke atọ bụkwa na a chọrọ ịtụlekọrịta asụsụ abụọ ahụ, iji mata ebe a ga-enwe nhịamahụ na mmejo, n'ịmụ asụsụ abụọ ahụ. Nke ikpeazụ, ihe a ga-akụzi ga-apụta site n'ịtụlekọrịta asụsụ abụọ, bịa wepụta ebe ha nwekọrọ ihe ọnụ. Ihe nwata akwụkwọ ga-amụ bụ ebe ahụ ha nwere ndịiche.

Akidi (2016: 167) kọwara na ntulekọrịta asụsụ, na e nwere mgbanwe batara n'ihi adịghị ike atụtụ a, ọ kpọrọ ya Nseke Mmejo. Corder (1967) kọwara na mmejọ niile a na-enweta n'asụsụ abụọ dị ka mburufe na-esite n'asụsụ nne. Ọ kọwara na a gaghị enwe ọmụmụ n'enweghị mmejọ na mmehie.

Adịghị ike atụtụ a bụ nke Oluikpe (1978) kwuru na a katọrọ ntulekọrịta asụsụ n'ihina ọtụtụ mmejọ e chere na ọ bụ asụsụ nne kpatara abụghị ya kpatara. Ọ depụtara na-enwere ụdịrị mmejọ ndị abụghị asụsụ nne kpatara. Ọ gara n'ihu depụta ha dị ka etu onye si amụtadebe ihe, mmejọ sitere n'usoro nkuzi na iwefeghariị iwu na-achi asụsụ, nke a bụ ike atụtụ a.


Ike atụtụ a, Lado (1957) kọwara na nwa akwụkwọ bịara ịmụ asụsụ ọhụrụ ga-enwe ebe nhịamaahụ na ebe agaghị ahịa ya ahụ. Ebe ahụ e nwere ndịiche ga-ahịa ya ahụ. Lado (1957) gara n'ihu kwuo na onye nkuzi ga-aghọta nwata ahụ ọsọọsọ ma hụkwa usoro, ọ ga-esi gbochi nsogbu ahụ ma ọ bụrụ na ọ tụlekọrịta asụsụ nne nwata ahụ na asụsụ ọhụrụ nke nwata chọrọ ịmụ.

**Ntụcha ngwa nchọcha**

**Chaatị mgbochiume olu Ọnịcha**

| Ụdị Mkpọpụta | Ụda | Ebe Mkpọpụta |
|---|---|---|
| Ụda ike | p b<br>t d<br>k g<br><br>kp gb | Egbugbereọnụ abụọ<br>Anyụrụ<br>Azụakpo/akpọ nro<br><br>Egbugbereọnụ na akpo |
| Ụdaimi | m<br><br>n | Egbugbereọnụ abụọ<br><br>Anyụrụ |
| Ụdashii | f v<br>s z<br><br>w | Egbugberenaeze<br>Anyụrụ<br><br>Egbugbere na akpo |
| Ụdachịị | ʧ ʤ<br>ʦ<br>kw<br><br>h | Ngafeanyụrụ<br>Mkponime<br>Egbugbere na akpọ'ime<br><br>Eko |
| Ụdaisi | l | Anyụrụ |
| Ụdarịị | r | Anyụrụ |

**Chaatị ụdaume olu Ọnịcha**




Site n'eserese a, e nwere myiri na ndịiche a chọpụtara dị n'asụsụ abụọ a. Ụda mgbochiume ha nwekọrọ ọnụ bụ: /p/ /b/ /d/ /t/ /k/ /g/ /v/ /ʧ/ /l/ /w/ /h/ /s/ na /z/, ụdaume bụ: /i/ /e/ /u/ /ɔ/ na /a/.

Site n'eserese a, a ga-ahụ na Ọnịcha enweghị ụdaume ndị a: /ʌ/, /ɜ:/ na /ə/ bụ ebe onye Ọnịcha ga-enwe nsogbu.

Ha bịa ịkpọpụta /ʌ/, /ɜ:/ na /ə/, ha na-ebufee /a/, /e/ na /o/.

Ịmaatụ:

**Okwu Bekee Ọnịcha**

1. /ʌ/

| | | |
|---|---|---|
| hut | /hʌt/ | /hɔt/ |
| cluster | /klʌstə/ | /klosta/ |
| love | /lʌv/ | /lɔv/ |

2. /ɜ:/

| | | |
|---|---|---|
| work | /wɜ:k/ | /wɔk/ |
| dirt | /dɜ:t/ | /det/ |
| bird | /bɜ:d/ | /bed/ |

**Ụdaume mkpị**

Olundị Ọnịcha enweghị ụdaume mkpị dị ka ọ dị na Bekee. Nke a na-eme ka onye Ọnịcha nwee nsogbu n'ịkpọpụta okwu Bekee ndị a:

**Okwu Bekee Ọnịcha**

3. /I:/

| | | |
|---|---|---|
| Deep | /di:p/ | /dip/ |
| Sleep | /sli:p/ | /slip/ |
| Sheep | / ʃi:p/ | /sip/ |

4. /a:/

| | | |
|---|---|---|
| Farm | /fa:m/ | /fam/ |
| PIass | /pa:s/ | /pas/ |
| Card | /ka:d/ | /kad/ |

**Ụdamkpi**

Ọnịcha enweghị ụdamkpi na ụdaume ha, nke a kpatara o ji ahịa onye Ọnịcha ahụ ikpọ ụdamkpi Bekee ndị a: /ei/, /ai/, /ɔi/, kama ha na-eme ya ọ bụrụ otu ụda.

**Okwu Bekee Ọnịcha**

5. game /geim/ /gem/

date /deit/ /deti/

mate /meit/ /met/

Ọ bụrụ ụdamkpi /əu/ ha mee ya /o/

Ịmaatụ:

| | Okwu | Bekee | Ọnịcha |
|---|---|---|---|
| 6. | vote | /vəut/ | /vot/ |
| | motor | /məutə/ | /moto/ |
| | so | /səu/ | /so/ |

**Mgbochiume**

Ndị Ọnịcha nwere ụda ndị adịghị na Bekee /kw/ /gw/, /kp/, /gb/, ebe ụda Bekee adịghị n'Ọnịcha bụ /ʒ/ /ɵ/ na /ð/

7. /ʒ/

| Okwu | Bekee | Ọnịcha |
|---|---|---|
| vision | /viʒən/ | /viʃən/ |
| measure | /meʒə/ | /meʃɔ/ |
| seizure | /siʒə/ | /siʃɔ/ |

8. /Ɵ/

| | | |
|---|---|---|
| faith | /feiƟ/ | /fet/ |
| earth | /ʒ:Ɵ/ | /et/ |
| think | /Ɵink/ | /tink/ |
| bath | /baƟ/ | /bat/ |

9. /ð/

| | | |
|---|---|---|
| father | /fa:ðə/ | /fada/ |
| those | /ðeuz/ | /doz/ |

worthy /wɜ:ði/ /wɔdi/

## Nchịkọta

Nchọcha a tulekọrịta ọdịdịụdaasụsụ Bekee na nke Ọnịcha Igbo were chọpụta ebe ha nwere myiri na ndịiche, nke bụ nsogbu nyere onye Ọnịcha na-amụ Bekee dịka asụsụ nke abụọ. E nweghị ụdaume mkpi na ụdamkpi n'ọdịdịụdaasụsụ Ọnịcha mana ha nwekọrọ: /i/ /e/ /u/ /ɔ/ na /a/: A bịa na mgbochiume ha nwekọrọ: /p/ /b/ /t/ /y/ /v/ /ʧ/ /ʤ/ /l/ /w/ /h/ /s/ na /z/. Ụda ha enwekọghị ọnụ bụ: /Θ/ /ð/ na /ʒ/. Ọzọkwa /kw/ /gw/ na /gb/ adịghị na Bekee. Ndịichie ndị a bụ nsogbu a chọpụtara na-echere onye Ọnịcha aka mgba mgbe ọ na-amụ asụsụ Bekee dịka asụsụ nke abụọ.

## Aro nwa nchọcha

Nwanchọcha na-atụ aro ka ọmụụ asụsụ na-enwe nsogbu ndị a gbaa mbọ na-amụ ụda ndị a ugboro kwuru ugboro ka ha wee mara ya ahụ. Ọzọ, ndị nkuzi ga-etinye uchu ige ntị mata etu nwa akwụkwọ si akpọpụta ụda iji nyere ya aka gbochie nsogbu a. N'ihina nyocha a agbaala nsogbu a n'anwụ, onye Ọnịcha ọbụla ga-agba mbọ lekwasa ụda ndị a anya iji kwụsị mbufee makana asụsụ Bekee abiagokwa ọnụnọ.

## EDENSIBỊA


Adeyanju, T.K. (1989). *Sociolinguistic and Language Education: An African Perspective.* Zaria. E bipụtabeghị ya.

Ellis, R. (1985). *Understanding Second Language Acquisition*. Oxford: OUP.

Lado R. (1957) *Linguistics Across Cultures*. Ann, Abor: University of Michigan Press.

Lee, W.R. (1968). *Thoughts on Contrastive Linguistic in the Context of Language Teaching.* Washington D.C: Georgetown University Press.

Odewumi, A.O. (2001). A Review of the Nigerian Language Provision in the National Policy of Education. *Journal of Education, 1*(1), 80 – 85.

Ofili, N.D., Chukwu, A.O., & Anozie, C.C. (2012). *Lingwistik Sayensi Asụsụ*. Enugu: Computer Edge.

Oluikpe, B.O. (1978). *English in Igboland: A Contrastive Study of Igbo Syntax*. Onitsha: Africana Publisher.

Onuigbo, S., & Eyisi, J. (2008). *English Language in Nigeria: Issues and Development*. Nsukka: Global Publishers.

SPILC (1985). *Okaasụsụ Igbo: Igbo Metalanguage*. The Society for Promoting Igbo Language and Culture.

# Myiwere: Ọgbatauhie nye ọmụmụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ

Chidimma E. Mgbemena

&

Chinweude Ugochukwu

Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrika na Nzikọrịta Ozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

## Ụmịedemede

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si emekọrịta site n'ịgbanwerịta echiche na ọchịchọ obi, jiri akara ọdịmara ndị nwe asụsụ ahụ kwekọrịtara na ya, ka e wee nwee nghọta zuru oke. Asụsụ Igbo dịka asụsụ mba ụwa ndị ọzọ nwere okwu ndị a kpọrọ myiwere. Myiwere bụ mkpụrụokwu ndị ahụ yiri onwe ha n'odide na mkpọpụta, mana nghọta ha dị iche iche. Myiwere so n'otu ihe na-ebutere onye na-amụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ ọgbatauhie. Fromkin na ndị ọzọ (2003:179) kwuru na myiwere na-eweta mgbagwoju anya n'asụsụ. N'ihi mgbagwoju anya a myiwere na-eweta n'asụsụ nke bụ ọgbatauhie nye onye na-amụ asụsụ Igbo kpalitere mmụọ nwanchọcha ileba anya n'isiokwu a. Ebumnobi ederede a bụ ịchọpụta ihe ndị nwere ike iwetara onye na-amụ asụsụ Igbo ọgbatauhie, ịchọpụta ụdị ọgbatauhie myiwere na-ewetara ọmụmụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ. N'ikpeazụ, ederede a chọrọ ịmatakwu ụzọ ndị e nwere ike isi gbochie nsogbu a chere ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihu. Usoro a gbasoro wee mee nchọcha a bụ usoro nkọwa. Ederede a ji atụtụ nseke mmejọ nke Pit Corder 1967 wee rụọ ọrụ. A chọpụtara na omenala onye na-amụ asụsụ, ọnọdụ ime mmụọ ya nakwa mgbagwoju anya sitere n'asụsụ ọ na-amụ, nke myiwere so n'otu n'ime ya na-ebutere ọmụmụ asụsụ Igbo ọgbatauhie. Na nchịkọta, a tụpụtakwara ụzọ dị iche iche e nwere ike isi gbochiri ọmụmụ asụsụ Igbo ọgbatauhie a. Ederede a ga-abara ndị nkuzi asụsụ Igbo na ụmụ akwụkwọ nnukwu uru.

## Okwu mmalite

Asụsụ bụ ụzọ mmadụ na ibe ya si emekọrịta. Asụsụ dị omimi, ọ bụ agwa asụsụ a mụtara sayensị nke na-agba mbọ ịmụ ọdịdị asụsụ, njirimara asụsụ na akparamagwa asụsụ. Amụmamụ sayensị asụsụ na-eme ka a mata usoro na otu onye na-amụ asụsụ si amụ asụsụ n'ụzọ kwụ ọtọ, tụmadi asụsụ nke abụọ na ọgbatauhie ndị ọ na-ezute n'ụzọ. Myiwere so n'otu ihe na-ebutere onye na-amụ asụsụ Igbo ọgbatauhie.

Mgbe mkpụrụokwu dị iche iche yiri onwe ha n'ụdịdị na mkpọpụta, mana nghọta ha dị iche iche, a kpọọ ha myiwere (Ọkaasụsụ 1985:79). Ụdị mkpụrụokwu a juru eju bara abara n'asụsụ Igbo ma site n'ụzọ dị otu a, na-ewetara ọmụmụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ ọgbatauhie.

E kewara ederede a na mpaghara na mpaghara. Mpaghara nke mbụ bụ okwu mmalite nke kpọlitere mmụọ ọgụụ gbasara ihe isiokwu ederede a na-ede maka ya. Mpaghara nke abụọ bụ ntụleghari agụmagụ n'ihe ndị e merela metụtara isiokwu nchọcha a. Usoro nchọcha mejupụtara mpaghara nke atọ. Nseke ngwa nchọcha mebere mpaghara nke anọ, ebe nchọpụta, aro na mmechi chịkọtara ya na mpaghara nke ise.

**Okpụrụkpụ okwu**: myiwere (*homonymy*), ọgbatauhie (*barrier*), asụsụ nke abụọ (*second language* ma ọ bụ *L2)*.

**Atụtụ nchọcha**

**Usoro Nseke Mmejọ -** Nseke mmejọ bụ usoro na-eleba anya n'amụmamụ ịchịkọta na iseke mmejọ niile onye na-amụ asụsụ nke abụọ na-eme oge ọ na-amụ asụsụ. Usoro a metụkarịrị aka n'asụsụ nke abụọ. Nseke mmejọ nọ ọnọdụ ka ụzọ ọmụ asụsụ ji enyochapụta iwu na-achịkwa asụsụ ọ na-amụ, ma gbaa mbọ gbaso iwu ndị ahụ.

Nseke mmejọ malitere dịka usoro ọmụmụ asụsụ nke abụọ n' agbata 1960s. A na- eji ya achọpụta ụdị na ọdidi mmejo dị iche iche, ebe mmejọ si malite nakwa mkpatara mmejọ. Ọ bụ Pit Corder na ndị otu ya tụpụtara atụtụ a n'afọ 1967 . Nseke mmejọ na-agba mbọ ịchọpụta ndịiche dị n'etiti mmejọ na mmehie. Ọ na-ahịa ahụ ịchọpụta mmejọ mana ọ dị mfe ịchọpụta mmehie. Ndị ji atụtụ a arụ ọrụ na-ekewasị mmejọ site n'ụdị mmejọ ọ bụ dịka mmagha (*omission*), mgbakwunye (*addition*), mwepu (*subtraction*) dg. E nwekwara ike ikewa mmejọ dịka etu o si metụta usorookwu. E nwere mmejọ ndị na-emetụta usorookwu niile nke ga-eme ka usorookwu ahụ ghara inwe nghọta. Ụdị mmejọ a ka akpọrọ "*global error*" na Bekee, mana mmejọ nke na-emetụta naanị mpaghara usorookwu ka a na-akpọ "*local error*" na Bekee. Ụdị mmejọ a anaghị ewepu nghọta dị n'okwu. Corder mere ka a mata na e nweghị amụmamụ nwere ike ịgbanahị mmejọ ma ọ bụ mmehie.

Nseke mmejọ na ntụlekọrịta asụsụ yitere. Ntụlekọrịta asụsụ na-ekwu na mmejọ onye na-amụ asụsụ na-eme bụ n'ihi nsogbu mfete olu nne. Onye ji ntụlekọrịta asụsụ eme ihe na-atụlekọrịta asụsụ nke mbụ ọ̀mụ́ asụsụ na asụsụ nke abụọ ọ na-amụ iji kpebie mmejọ. Na nseke mmejọ, ọ dị mkpa ilekwasi anya n'iwu asụsụ ọ̀mụ́ asụsụ dara, nke a ga-enye aka ịmata ole ọ̀mụ́ asụsụ madebere asụsụ ọ na-amụ (Corder 1981).

Nseke mmejọ metụtara amụmamụ asụsụ, ọmụmụ asụsụ nke abụọ, ntụlekọrịta asụsụ, nnwale asụsụ nke abụọ dg. N'ịmụ asụsụ, ọ̀mụ́ asụsụ ga-emerịrị mmejọ, usoro na nka amụmamụ niile metụtara mmejọ na mmehie dịka nseke mmejọ. E nwere ike ịgbaso usoro nseke mmejọ na

ntụlekọrịta asụsụ were nyocha ọmụmụ asụsụ nke abụọ. Usoro nseke mmejọ dịka Corder (1974) siri kewaa ha bụ:

1) Iwekọta nsere asụsụ mbụ ọ̀mụ́ asụsụ

2) Ịchọpụta mmejọ

3) Ịkọwa mmejọ

4) Ịkọwami mmejọ

5) Ndezi

Na nchịkọta, nseke mmejọ bara uru n'ihi na ọ na-enyere onye nkuzi aka ịkọwapụta nsogbu ọ̀mụ́ asụsụ.

## Ntụleghari agụmagụ

N'ebe a, a ga-eleba anya n'ihe ndị ọkammụta dị iche iche derela nke metụtara isiokwu nchọcha a.

## Myiwere

Mkpụrụokwu a bụ myiwere nke a kpọrọ "*homonymy*" na Bekee si na mkpụrụokwu Greek abụọ ndị bụ "*homo-*" nke pụtara "otu ihe" na "*onymos-*" nke pụtara "aha" wee pụta. N'ịkọwa ihe myiwere pụtara, myiwere bụ mmetụta dị n'etiti mkpụrụokwu ndị yiri onwe ha n'ụzọ mkpọpụta na nsupe mana mpụtara ha dị iche iche (Wikipedia 2010).

Richards na Schmidt (2002:241) kọwara myiwere dịka ọkpụrụkpụ okwu n'amụmamụ nghọta okwu nke e ji akọwapụta mkpụrụokwu ndị yiri onwe ha na odide na mkpọpụta mana mpụtara ha abụghị otu ihe. Onye ọzọ kọwakwara myiwere bụ Leech (1981). O kwuru na myiwere bụ mkpụrụokwu abụọ ma ọ bụ karịa nwere otu ụdị mkpọpụta na nsupe mana mpụtara ha dị iche iche. Nkọwa Leech kwenyere na nkọwa Mcdonald (1977) onye kwuru na myiwere bụ mkpụrụokwu ndị nwere otu mkpọpụta na nsupe mana, mpụtara na ntọala ha abụghị otu. Nkọwa Macdonald na Leech dabara na nkọwa Richards na Schmidt, naanị ndịiche dị na nkọwa ha bụ na Richards na Schmidt kwuru na myiwere bụ ọkpụrụkpụ okwu a na-ahụ n'amụmamụ nghọta okwu.

N'aka nke ọzọ, Hartmann na Stork (1976) kwuru na myiwere bụ mkpụrụokwu dị iche iche nwere otu mkpọpụta, mana nsupe ha nwere ike bụrụ otu maọbụ na ha abụghị otu dịka mkpụrụokwu Bekee abụọ a " *see* na *sea*." Fromkin na ndị otu ya (2003:179) kwenyere na nkọwa Hartmann na Stork. Ha kwuru na myiwere na-ebute mpụtaraukwu n'asụsụ. Ha kọwara ya dịka okwu dị iche iche nwere otu mkpọpụta mana nsupe ha nwere ike bụrụ otu maọbụ abụghị otu. Ha ji okwu Bekee "*tale* na *tail*" were kwado nkọwa ha. Ndị ọzọ kwenyekwara n'echiche Fromkin na ndị otu ya na Hartmann na Stork bụ Gramley na Patzold (1992) site n'ịkọwa myiwere dịka mkpụrụokwu dị iche iche dị n'asụsụ ndị nwere otu mkpọpụta na otu nsupe ma nwee nghọta dị iche iche maọbụ mkpụrụokwu ndị nwere otu mkpọpụta mana nsupe ha abụghị otu. Site na nkọwa ha n'ụzọ dị otu a, ha kewara myiwere ụzọ abụọ bụ myiri n'ụda na myiri n'odide. Ọ bụ eziokwu na Gramley na Patzold kwenyere na nkọwa ndị ọkammụta ndị ọzọ nyere maka myiwere, mana ha gbakwunyere na myiri n'ụda na myiri n'odide dị n'ime myiwere.

Na nchịkọta, dịka o si metụta ederede a, a ga-akọwa myiwere dịka mkpụrụokwu dị iche iche dị n'asụsụ ndị nwere otu mkpọpụta na nsupe mana mpụtara ha dị iche iche.

## Ọgbatauhie

N'ebe a, anyị ga-eleba anya n'ụfodụ nkọwa ndị ọkammụta nyere gbasara ọgbatauhie.

Dịka o si metụta asụsụ, ọgbatauhie bụ ihe ọbụla na-egbochi nghọta nzirita ozi n'etiti ndị na-asụ asụsụ (Wikipedia 2006). *Merriam-Webster's dictionary* kọwara ọgbatauhie dịka nhịamahụ ndị nọ na nzirita ozi na-enwe n'ihi na asụsụ ha abụghị otu maọbụ mgbagwoju anya dị n'otu asụsụ ha na-asụ. *Merriam-Webster's dictionary* kwenyere na nkọwa Wikipedia nyere gbasara ọgbatauhie site n'ikwu na o nwere ike bụrụ nsogbu sitere n'otu asụsụ ndị na-asụ asụsụ.

Garfinkel (1984) kọwara ọgbatauhie dịka nghọtahie na-adị n'etiti òzí ozi (*sender*) na ọnata ozi (*receiver*) n'ihina otu mkpụrụokwu nwere ike inwe ọtụtụ mpụtara. Shraddha (2018) onye kwenyere n'echiche Garfinkel gara n'ihu kwuo na ihe na-ebute ọgbatauhie metụtara asụsụ bụ mgbe mpụtara otu okwu dị iche iche na otu onye ọzọ siri ghọta ya. Ya bụ na mkpụrụokwu ndị nwere karịa naanị otu nghọta bụ ya na-ebute ọgbatauhie. O kwukwara na ihe na-ewetara ọmụ asụsụ ọgbatauhie gụnyere myiri n'ụda, myiri n'odide, myiwere, wdg.

Lunenburg (2010) lebara anya n'ọgbatauhie metụtara asụsụ ma kwuo na o bụ ihe na-emetụta nzirita ozi mmadụ na ibe ya. Kamath (2003) n'akwụkwọ ya a kpọrọ *Business communication* kọwakwara ọgbatauhie dịka nsogbu ọbụla metụtara usoro nzirita ozi nke na-emetụta nghọta. Kamath na Lunenburg kwenyere na ọgbatauhie bụ ihe ọbụla bụ nsogbu nye asụsụ mgbe e ji ya eme nzirita ozi.

Dịka o si metụta ederede a, a ga-akọwa ọgbatauhie dịka nsogbu na-eweta nghọtahie n'etiti mmadụ abụọ maọbụ karịa nọ na nzirita ozi n'ihina ụfọdụ mkpụrụokwu nwere nghọta abụọ maọbụ karịa.

**Asụsụ nke abụọ**

N'ịghọtawanye ihe asụsụ nke abụọ pụtara, Gerrit (2015) kọwara asụsụ nke abụọ dịka asụsụ ọ bụla mmadụ mụtara nke abụghị asụsụ mbụ ya maọbụ asụsụ nne ya. Ọ gara n'ihu were ọmụmaatụ a kwado nkọwa ya: Onye *Russian* bi na *France* were na-amụ asụsụ *French*. N'ebe a, asụsụ *French* bụ asụsụ nke abụọ ya. Miao (2015) kwadoro echiche Gerrit site n'ikwu na asụsụ nke abụọ bụ asụsụ mmadụ mụtara ka ọ mụtachara asụsụ nne ya. Ọ gara n'ihu gbakwunye na asụsụ nke abụọ bụ asụsụ na-arụ ọrụ dị mkpa n'otu mmadụ nọ n'ime ya. Krashen (1988) kwenyere na asụsụ nke abụọ bụ asụsụ na-arụ ọrụ dị mkpa n'otu site n'ikwu na ọ bụ asụsụ abụghị asụsụ nne mmadụ nke ọ mụtara iji nwee mmekọrịta doro anya n'etiti mmadụ na ibe ya n'otu ọ nọ na ya.

N'echiche Crystal (1997), asụsụ nke abụọ bụ asụsụ nke abụghị asụsụ nne nke mmadụ mụtara maka nzirịta ozi, o nwere ike bụrụ maka azụmahịa, iji mee amụmamụ maọbụ ịrụ ọrụ gọọmenti. Ya bụ, asụsụ ọbụla mmadụ mụtara nke abụghị asụsụ nne ya bụ asụsụ nke abụọ. Gass na Selinker (2008:8) kwadoro echiche Crystal gbasara asụsụ nke abụọ kama, ha gara n'ihu gbakwunye na ọ bụrụgodị asụsụ nke atọ maọbụ nke anọ mmadụ mụtara nke abụghị asụsụ nne ya bụcha asụsụ nke abụọ. Mbah na ndị ọzọ (2013) kọwara asụsụ nke abụọ dịka asụsụ ofesi a nabatara n'obodo dịka asụsụ izugbe maka nkwukọrịta. *The Collins Dictionary* ekwenyeghi na nkọwa Mbah ha. O kwuru na asụsụ ofesi na asụsụ abụọ abụghị otu ihe. Ọ kọwara asụsụ ofesi dịka asụsụ a nabatara a na-asụ n'obodo nke abụghị asụsụ nne obodo ahụ ebe asụsụ nke abụọ bụ asụsụ mmadụ mụtara ka ọ mụtachara asụsụ nne ya. Ọ kwuru na e nwere ụzọ dị iche iche mmadụ nwere ike isi mụta asụsụ nke abụọ. O nwere ike bụrụ site n'ịmụ ya n'ụlọ akwụkwọ ma ọ bụ ịmụta ya site n'ibi n'obodo nwe asụsụ ahụ.

Na nchịkọta, a ga-akọwa asụsụ nke abụọ dịka asụsụ mmadụ mụtara nke abụghị asụsụ nne ya iji nyere ya aka na mmekọrịta mmadụ na ibe ya n'òtù ọ nọ n'ime ya.

**Mkpatara ọgbatauhie ụfọdụ n'ọmụmụ asụsụ nke abụọ**

Kamath (2003) kpọpụtara ihe ndị o chere nwere ike iwete ọgbatauhie nye ọmụmụ asụsụ. Ọ gara n'ihu kewaa ha ụzọ anọ bụ:

**Ọgbatauhie nhụrụnanya:** N'ebe a, ọ kọwara na ụdị ọgbatauhie a bụ nke metụtara gburugburu ebe a na-eme amụmamụ ma ọ bụ gburugburu ebe a na-enwe nzirita ozi. O kwuru na ihe dịka mkpọtụ nwere ike ibute ụdị ọgbatauhie a.

**Ọgbatauhie ime mmụọ:** Ọnọdụ ime mmụọ mmadụ nwere ike ibutere ya ọgbatauhie mgbe ọ na-amụ asụsụ. Ọ bụ mgbe ime mmụọ mmadụ kwenyere n'ọnọdụ nhụrụnanya ya ka ọ ga-eji tinye uche wee mee ọmụmụ asụsụ ya n'ụzọ dị werewere. Enweghị ike icheta ihe ọsọ ọsọ, mmetụta obi, wdg. na-ebute ụdị ọgbatauhie a.

**Ọgbatauhie omenala:** Omenala na asụsụ dịka ele na nwa ịma otu akwa. Omenala bụ otu ndị si ebi ndụ ha. Omenala ọmụ asụsụ nwere ike ịkpata mgbagwoju anya mgbe ọ na-amụ asụsụ ọbụla dịka asụsụ nke abụọ ma site n'ụzọ dị otu a wetara ya ọgbatauhie.

**Ọgbatauhie asụsụ:** Ọgbatauhie asụsụ bụ ihe ọbụla na-egbochi nghọta nzirita ozi n'etiti ndị na-asụ asụsụ. Ọgbatauhie nwere ike ịmalite n'ihi ndịiche asụsụ na ibe ya, mpụtara mkpụrụokwu ụfọdụ na mkpọpụta mkpụrụokwu nwere ike iwetara ọmụ asụsụ mgbagwoju anya. Ịmaatụ ọgbatauhie asụsụ gụnyere:

i) Otu mkpụrụokwu inwe ọtụtụ mpụtara: Onye na-amụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ ga-enwe nhịamahụ sitere n'ụdị ọgbatauhie a. Ịmaatụ

Ákwá (cry)
Ákwà (egg)

ii) Myiri n'ụda: Ya bụ okwu ndị mkpọpụta ha bụ otu ihe mana nsupe na mpụtara ha dị iche iche. Ịmaatụ n'asụsụ Bekee:

Fair/Fare Principle/Principal

iii) Asụsụ nka sokwa n'ihe ndị na-ebute ọgbatauhie asụsụ. Ihe otu mkpụrụokwu pụtaara ótū òtù abụghị ihe ọ ga-apụtara òtù ọzọ. Ịmaatụ: Okwu a bụ "windo" abụghị ihe ọ pụtaara onye na-ewu ụlọ ka ọ pụtara onye kọmputa injinia.

**Ụdị ọgbatauhie myiwere na-ewete**

Site n'ihe ndị a e deputara, a hụrụ na ụdị ọgbatauhie myiwere na-ewetara onye na-amụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ bụ ọgbatauhie nghọtaokwu. N'ihi na okwu nwere otu nsupe na mkpọpụta mana mpụtara ha dị iche iche juru eju bara abara n'asụsụ Igbo, ọ na-ewetara ọmụ asụsụ nghọtahie nghọtaokwu mgbe e ji ụdị mkpụrụokwu ndị a were sụọ asụsụ maọbụ dee ihe.

**Myiwere dịka ọgbatauhie**

Ụfọdụ myiwere ndị nwere ike ibute ọgbatauhie nye ọmụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ gụnyere:

1. **Ímē - pregnancy/inside**

Nneka dị <u>ime</u> (Nneka is pregnant)
Bata n'<u>ime</u> ụlọ (come inside the house)

2. **Ébē - Beetle/ Where**

<u>Ebe</u> mebiri ọba ji m (Beetle destroyed my yam barn) O righị nri <u>ebe</u> ọ gara ( He/She did not eat where he went to)

3. **Árá - Madness/ Breast**

<u>Ara</u> na-apụ ya (He/she is mad)
Ada nwere <u>ara</u> abụọ (Ada has two breasts)

4. **Ụ́tā - Blame/ Arrow**

Atakwala m <u>uta</u> ( Do not blame me) <u>Ụta</u> bụ ngwa ọgụ ( Arrow is a weapon)

5. **Àgwà - Beans/ Character**

Achọrọ m iri <u>agwa</u> (I want to eat beans) Chiọma nwere <u>agwa</u> ọma (Chioma has a good character)

6. **Ị́bà - Malaria/ Enter**

<u>Iba</u> ji m aka (I have malaria) Achọrọ m <u>iba</u> n'ime ụlọ (I want to enter inside the house)

7. **Ùdé - Cream/ famous**

Ude ya agwụla (Her cream had finished) Ude maazi Obi na-ede (Mr Obi is famous)

8. **Ílú - Proverb/ Bitter**

Ilu dị mkpa na ndụ ndị Igbo (Proverb is important in the life of the Igbo) Akwụkwọ dogoyaro dị ilu (Neem leaf is bitter)

9. **Égwú - Dance/ Play**

Ụmụaka ahụ na-agba egwu (The children are dancing) Ụmụaka ahụ na-egwu egwu (The children are playing)

10. **Ábụ̀ - Song/ Akụkụ ahụ mmadụ**

Abụ agha na-amasị ya (He enjoys war songs) Ka m hụ abụ gị (Let me see your armpit)

11. **Àgbà - Jaw/ Appointment**

Ana m emetụ agba m aka (I am touching my jaw) Mụ na Ada kara agba (I have an appointment with Ada)

12. **Àkụ̀ - wealth/ Edible ant**

Nwoke ahụ nwere akụ na ụba (The man is wealthy)
Akụ na-enye nnukwu ihe n'ahụ (Edible ant is nutritious to the body)

13. **Áhụ́hụ́ - Suffering/ Ants**

Ahụhụ akpụọla nwoke ahụ isi (That man is really suffering) Ngwere na-eri ahụhụ (Lizards eat ants)

14. **Ánwụ̄ - Mosquito/ Sun**

Anwụ na-ebute ọrịa ịba (Mosquito causes malaria) Anwụ na-enye ihe (The sun illuminates)

15. **Ǹkwà - Promise/ Song or music**

Nkechi kwere m nkwa (Nkechi promised me)
Nkwa a amaka (The music is nice)

**Nchọpụta**

Ederede a na-egosi na ọmụ asụsụ ọbụla dịka asụsụ nke abụọ na-ezute ọgbatauhie n'amụmamụ ya. E nwere ọgbatauhie nghọtaokwu nke bụ ụdị ọgbatauhie myiwere na-ewetara onye na-amụ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ. Myiwere dị n'asụsụ Igbo juru eju bara abara nke mere na mgbe ọmụ asụsụ che na ya amụtachaala mkpụrụokwu dị n'asụsụ na mpụtara ha, ọ ga-enwe mgbagwoju anya ma a gwa ya na mkpụrụokwu ahụ nwere mpụtara ọzọ karịa nke ọ mụtarala.

**Aro**

Site n'ihe nwanchọcha chọpụtara n'ederede a, ọ na-atụnye aro ka e lebaa anya n'ihe ndị a:

i) ịgba mbọ kpọọ ikuzi myiwere ndị dị n'asụsụ Igbo mkpa na nkuzi asụsụ. Ọ bụ eziokwu na a na-akụzi myiwere mana, a naghị agbadosi ụkwụ ike na ya otu e si agbado ụkwụ na mkpọpụta na odide asụsụ mgbe a na-akuzi asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ

ii) ọzọ bụ ikuzi mkpụrụokwu ndị bụ myiwere ugboro ugboro. Ọ bụghị naanị a kụzie ya otu ugboro a kwụsị. Mba! A ga na-akụzi ya kwa mgbe kwa mgbe ka mkpụrụokwu ndị ahụ nwee ike bamie ọmụ asụsụ n'ụbụrụ

iii) n'ikpeazụ, ịchọta ọkachamara n'ihe gbasara ntụgharị mgbe a na-akuzi asụsụ makana e kwuo na ihe dị ọcha, e kwuo ihe ọ na-acha ka ya. Ọ bụrụ na a na-akụziri ọmụ asụsụ maka myiwere, ọ dịkwazi mkpa iji ọmụmaatụ asụsụ nne / asụsụ mbụ ya were na-akọwa ya maka edomanya.

N'ebe o metụtara ọmụ asụsụ, iji wepu ọgbatauhie a myiwere na-ebutere ya, nwanchọcha na-atụnye aro ka ọ na-etinye uche mgbe a na-ekwu okwu ma mata ọnọdụ e ji kwuo okwu. Ịmata ọnọdụ e ji kwuo okwu ga-ebelatara ya ọgbatauhie a. Ịmaatụ: Ọ bụrụ na ọmụ asụsụ na mmadụ na-akparịtaụka, onye ahụ kwuo si "Agụụ na-agụ m, agwa ka m chọrọ iri."

N'ebe a, ọnọdụ e ji kwuo okwu ga-agwa ọmụ asụsụ na ọ bụ 'agwa' ihe oriri ka a na-ekwu maka ya, ọ bụghị 'agwa' nke pụtara "omume " makana a naghị eri ya eri. Nghọta ọnọdụ e ji kwuo okwu metụtakwara ọmụmaatụ ndị a dị n'elu.

**Mmechi**

Ọ̀mụ́ asụsụ Igbo dịka asụsụ nke abụọ na-ezute ọgbatauhie dị iche iche n'ụzọ, myiwere so n'otu ọgbatauhie na-echere ya aka mgba ma na-ewetakwa nghọtahie na mpụtara ozi e bu n'obi

izi. Iji belata ọgbatauhie myiwere na-ebutere ọmụ asụsụ, a tụrụ anya na ndị nkuzi asụsụ na ndị ọmụ asụsụ Igbo ga-eleba anya n'aro nwanchọcha ma tinye ha n'ọrụ.

**Edensibịa**


Crystal, D. (1997). *English as a global language. (2nd ed.)*. Cambridge: University press.

Fromkin, V., Robert, R., Nina, H. (2003). *An introduction to language*. *(5th ed.)*. Australia: Thomson Wadsworth.

Garfinkel, H. (1984). *Studies in ethnomethodology.* Cambridge: Polity press.

Gramley, S. & Patzold, K. (1992). *A survey of modern English*. London: Routledge.

Gass, S. & Selinker, L. (2008). *Second language acquisition: An introductory course (3rd ed.)*. Mahwah, NJ: Lawrence Erlbaum. https://doi.org/10.4324/9780203932841.

Gerrit, J.N. (2015). *Marianne Starren, in international encyclopedia of the social and behavioral sciences. (2nd ed.)*.

Hartmann, R. & Stork, F.C. (1976). *Dictionary of language and linguistics*. London: Applied science publishers.

Krashen, S.D. (1988). *Second language acquisition and second language learning*. Prenti ce- Hall International.

Leech, G. (1981). *Semantics: the study of meaning*. Harmondsworth: Penguin Books.

Lunenburg, F.C. (2010). Communication: The process, barriers, and improving effectiveness. Schooling, I.

Macdonald, A.M. (1977). *Chambers twentieth century dictionary*. Bath: Pitman press.

Mbah, B.M., Mbah, E.E., Ikeokwu, E.S., Okeke, C.O., Nweze, I.M., Ugwoona, C.N., Akaeze, C.M., Onu, J.O., Eze, E.A., Prezi, G.O., & Odii, B.C. (2013). *Igbo Adị: Igbo-English, English-Igbo Dictionary of linguistics and literary terms*. Nsukka: University of Nigeria Press.

Miao, R. (2015). *In international encyclopedia of the social and behavioral sciences. (2nd ed.)*.

*Ọkaasụsụ Igbo. Igbo Metalanguage*. (1985). Incorporating Recommendations of the Igbo Standardardisation Committee of the Society for promoting Igbo language and culture (otu iwelite asụsụ na omenala Igbo). NIGERIA.

Pranita, K. (2003). SKM's J.M. Patel college, Goregaon chapter No 5. INTERVIEWS Mrs. Pranita Kamath. University of Mumbai.

Richards, J.C & Schmidt, R. (2002). *Longman dictionary of language teaching and applied linguistics.* Essex, England: Pearson Education.

Second language. (2013). Na *The Collins Dictionary*. E wetere ya na http://www.Collinsdictionay.com.

Shraddha, B. (2018). "Semantic barriers of communication." Na Businesstopia, January 10, 2018. https://www.businesstopia.net/communication/semantic- barriers-communication.

Udemmadu, T.N. (2018). *Ọmụmụ nghọtaokwu (sematiks)*. Onitsha: Durability press .

Wikipedia. (2006). "Language Barriers".

en.wikipedia.org/wiki/user. Language Barriers.

Wikipedia. (2010). "Homonymy".

en.wikipedia.org/wiki/user. Homograph.

# NNYOCHA OKWU AKPỌMAKPỌ MAKA NDỊ EZINAỤLỌ N'Ọ̀BÀ

AUGUSTINA EKWY EZEMOKA

Ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

&

THECLA NGOZI UDEMMADU

Ngalaba amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi

Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka

## Ụ̀mị̀edemede

Nchọcha a nyochara okwu ndị ahụ ndị Ọ̀bà ji eme akpọmakpọ n'ime ezinaụlọ. Mbunuuche ndị nchọcha bụ ịchọpụta okwu ndị ahụ ndị Ọ̀bà ji eme akpọmakpọ iji mee ka e wepụ mgbagharị anya na nhọrọ okwu akpọmakpọ dabara adaba ọkacha mgbe mmadụ na-akpọ ndị ezinaụlọ ya maọbụ mgbe a na-ekwu maka onye ahụ n'azụ ya. Okwu akpọmakpọ bụ okwu ndị ahụ e ji akpọ maọbụ ekwu maka mmadụ n'ihu onye ahụ maọbụ n'azụ ya. Ọnụọgụ ndị e jiri mee nchọcha dị iri ise na isii nke gụnyere ụmụnwoke na ụmụnwaanyị. E siri n'ogbe asaa e nwere n'Ọba were họrọ ndị e jiri mee nchọcha. E nwetara ngwaọrụ nchọcha a site n'ajụjụ ederede e jiri gbaa ndị a họrọ n'ogbe ndị ahụ ajụjụ ọnụ. Nchọcha a mere ka a mara na e nwere ọtụtụ okwu akpọmakpọ ndị Ọba ji akpọrịta onwe ha n'ezinaụlọ dịka, aha mmenwa (AMN), aha izizi (AI), aha ikpeazụ (AIK), aha ngosi ịhụnanya (ANỊ), akpọmakpọ aha nkọwa (AAN), akpọmakpọ ịkwa emo (AỊE), aha echichi (AE), aha otutu (AO), akpọmakpọ ke ekele (AKE), akpọmakpọ nkwanye ugwu (ANU), aha izizi na aha ikpeazụ (AIAIK), akpọmakpọ efu (AEF), aha ngosi akaọrụ (ANA), w.d.g. A chọpụtara na ndị Ọba na-akpachapụ anya na nhọrọ okwu akpọmakpọ ndị ezinaụlọ maka ịkwanyere ndị tọrọ ha maọbụ ndị okenye ugwu ruuru ha.
**Ọkpụrụkpụokwu:** okwu akpọmakpọ, Ọba, Ezinụlọ, Nkwanye ugwu, Mmekọrịta.

### Mkpọlite

Asụsụ dị nnukwu mkpa na mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ na ibe ya ji akparịtaụka ma na-enwe mmekọrịta n'ụzọ dị iche iche n'ụwa. Ihe niile mmadụ na-eme gbadoro ụkwụ n'asụsụ n'ihi na ọ bụ asụsụ ka e ji ezipụta ha. Ọ dị mkpa ka a mara na asụsụ abụghị naanị maka iji zirita ozi maọbụ ịkụziri mmadụ ihe. E nwere ike iji asụsụ gosi onye mmadụ bụ, gosi ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya, gosi usoro obibi ndụ, wepụta omenala maọbụ gosi etu mmadụ na ibe ya siri didewe na mma. Ihe mmadụ na-akpọ ibe ya nwekwara ike izipụta ụdị agwa okwuu chọrọ ịkpaso onye ọ na-akpọ maọbụ ekwu maka ya na ọtụtụ ihe ndị

ọzọ. Mgbe mmadụ chọrọ ịkpọ mmadụ ibe ya maọbụ kwuo maka onye ahụ, ọ dị mkpa na okwuu ga-ama ihe jikọrọ ya na onye ahụ maọbụ mara etu ya na onye ahụ siri dị iji mara ihe ọ ga-akpọ onye ahụ. Ihe ahụ ọ ga-akpọ onye ahụ ka a na-akpọokwu akpọmakpọ. Akpọmakpọ na okwu ndị e ji emepụta ya bụ otu ụzọ pụtara ihe e si egosị mmekọrịta maọbụ mmetụta dị n'etiti mmadụ na ibe ya. Ọ bụ n'ihi nke a ka ọtụtụ ndị mmadụ ji agba mbọ kemgbe ime nchọcha iji chọpụta etu ndị dị iche iche si eji okwu akpọmakpọ egosị mmekọrịta dị n'etiti ha na mmadụ ibe ha. Ndị nchọcha gbara mbọ ịchọpụta okwu akpọmakpọ ndị ahụ ndị Ọba ji akpọrịta ndị ezinaụlọ ha.

Ọ̀bà bụ otu obodo dị n'ime okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugwu. O nwere nnukwu okporo ụzọ gọọmentị etiti siri Otukpo gafere Ọba were gawa Nainti Maịl Kọna, ma sikwa ebe ahụ ruo Ọnịcha. Eze (2004) na-akọwa na ụfọdụ obodo ha na Ọ̀bà gbara agbataobi bụ Imilike, obolo Afọ, Amala, Igwugwu, Ovoko, Eha-Alụmọna, Nsụka, Obolo Eke. Ọ gara n'ihu kwuo na e nwere ogbe asaa mejupụtara Ọ̀bà, ha gụnyere, Òwère Èzeọ̀bà, Ejụọ̀nà, Ọ̀kpụ, Amala, Amaọ̀bà, Ọ̀họọmụ̄ na Òhèbè. Ndị Ọ̀bà nwere obì abụọ ebe ndị obodo ha bi, ha bụ, Ọ̀bà Agụ na Ọ̀bà Ụlọ. Ọ̀bà Ụlọ bụ nke a maara dịka ala nnatarachi ha ma bụrụkwa nke ogbe ọbụla nwere ala ma birikwa. Ọ̀bà Agụ bụ nke ha na-akpọkarị Agụ Ọ̀bà bụ ala ndị ha nwetara site na mmeri n'agha ha meriri ndị Imilike na ndị Eha-Alụmọna ha na ha gbara agbataobi na mpaghara ahụ. Ogbe ọbụla nwere ala n'Agụ Ọ̀bà, n'ihi nke a, onye ọbụla nwere ike ibi ebe ọbụla masịrị ya. Nwakego na Umezinwa (2015) na-ekwu na ndị Ọ̀bà nwere nnukwu ahịa ha na-akpọ ʿAhịa Wọldụ Bankịʾ maọbụ ʿOrie Ọ̀bà n'ihi na a na-azụ ya ụbọchị orie ọbụla. Ọ bụ nke a mere ndị Ọ̀bà jiri bụrụ ndị e ji ịzụ ahịa mara. Ụfọdụ n'ime ha na-arụ ọrụ ugbo n' Ọ̀bà Ụlọ nakwa Agụ Ọ̀bà. E nwekwara ọtụtụ ndị Ọba na-arụ ọrụ Bekee.

**Nkọwa gbasara okwu akpọmakpọ**

O nweela ọtụtụ nkọwa ndị mmadụ nyere gbasara ihe okwu akpọmakpọ pụtara. Okwu akpọmakpọ na nkọwa nke Murphy (1988) bụ okwu ndị ahụ mmadụ ji akpọ ibe ya nke ihe na-akpali ya bụ usoro obibi ndụ ha. Murphy kwuru na ihe nke a pụtara bụ na mkpụrụokwu nsinasụsụ ndị ahụ e ji akpọ mmadụ maọbụ ekwu maka mmadụ dịka ugegbe na-egosipụta ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya maọbụ izipụta na o nweghị ihe jikọrọ ha. Yule (2006) nyere nkọwa nke ya were sị na okwu akpọmakpọ bụ mkpụrụokwu maọbụ nkebiokwu ụfọdụ ndị ahụ e ji eme ka a mara onye a na-ekwu maka ya. N'okwu nke Yang (2010), okwu ndị ahụ e ji eme akpọmakpọ dịka igodo e ji akpọghe mkparịtaụka mmadụ na ibe ya nke nwere ike igosipụta mmekọrịta maọbụ ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya. Yang kọwara na ọtụtụ oge na e nwere ike iji ihe a kpọrọ mmadụ gosi ugwu a na-akwanyere onye ahụ, ịhụnanya, nleda anya maọbụ gosi mkparị a na-enye onye a na-ekwu maka ya. Yang (2010) gara n'ihu kwuo na o nwere ụzọ ihe atọ kpatara e ji akpọ mmadụ ihe ọbụla a na-akpọ onye ahụ. O kwuru na nke mbụ bụ na a na-eji ya eme ka ndị mmadụ mara ụdị mmadụ a na-ekwu maka ya maọbụ ihe jikọrọ onye na-ekwu okwu na onye ọ na-agwa maọbụ onye ọ na-ekwu maka ya. Nke ọzọ, a na-eji ụdị akpọmakpọ ụfọdụ egosipụta ọnọdụ mmadụ n'obodo iji gosi ihe onye ahụ bụ, igosi afọ, jenda, ọkwa, na ọtụtụ ihe ndị ọzọ.Yang na-ekwu na a na-eji ụdị akpọmakpọ dị iche iche akwanyere mmadụ ugwu site n'ụdị mmadụ onye ahụ bụ maọbụ ebe ha nọ.

Ndị nchọcha n'aka nke ha hụrụ okwu akpọmakpọ dịka mkpụrụokwu maọbụ nkebiokwu ndị ahụ mmadụ na-akpọ ibe ya mgbe ha nọ onwe ha ihu na ihu maọbụ mgbe okwuu na onye ọ na-ekwu maka ya anọghị onwe ha nso.

## Nkọwa okwu akpọmakpọ ụfọdụ

Ọtụtụ ndị ọkachamara n'ihe gbasara amụmamụ asụsụ m̀mèrènòòtù emeela ka a mara na e nwere ọtụtụ okwu akpọmakpọ dị iche iche pụtara ihe mmadụ ji akpọrịta onwe ha maọbụ ekwu maka mmadụ. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a ga-akọwa ebe a.

**Ahàakā**

Ahaaka dịka Brown na Ford (2003) siri kọwaa bụ aha akamkpa a na-akpọkarị mmadụ. Ha mere ka a mara na e nwere ụzọ dị iche iche ahaaka nwere ike isi pụta ihe, ha bụ site n'ịkpọ onye ahụ aha izizi, aha ikpeazụ maọbụ aha izizi na aha ikpeazụ.

**Aha ìzìzì:** Aha izizi (AI) bụ nke e nwekwara ike ịkpọ aha mbụ dịka Brown na Ford (2003) siri kọwaa. Ọ bụ ụdị aha e jiri mara onye kpọmkwem ọkacha n'ezinaụlọ maọbụ ndị ha na onye ahụ metụtara nke ọma. Brown na Ford (2003) na-akọwa na e nwere ike ịkpọ onye ahụ aha ahụ n'ihu ya maọbụ were ya kwuo maka onye ahụ mgbe onye ahụ anọghị ebe a na-ekwu maka ya. Ha gara n'ihu kọwaa na ndị tọrọ mmadụ maọbụ ndị okenye na-akpọkarị ndị ha bụ ọgbọ aha izizi (AI), mana nwata anaghị akpọkarị okenye AI. Ọtụtụ oge, ịkpọ mmadụ AI na-egosikarị na okwuu na onye ọ na-agwa okwu maara onwe ha nke ọma. Ndị nọkwa n'otu ọgbọ nwere ike ịkpọkọrịta onwe ha AI. Brown na Ford (2003) mere ka a mara na adịmnamma mmadụ na ibe ya na ọ̀gbọ ka a na-agbado ụkwụ iji mara mgbe mmadụ kwesiri ịkpọ ibe ya aha izizi ya.

**Mkpọbiri aha izizi (MAI):** Site na nkọwa nke Brown na Ford (2003), mkpọbiri aha izizi bụ ụdị okwu akpọmakpọ a na-enweta site n'aha izizi ọkacha mgbe e gburu ya n'ịchafụ. Ha gara n'ihu na-ekwu na ndị na-akpọkarị mmadụ MAI bụ ndị ha na ibe ha maara nke ọma.

**Aha ị̀kpeazụ̄:** Aha ikpeazụ nke a ga-akpọ AIA site ugbua bụ nke Brown na Ford (2003) kọwara dịka aha a na-akpọ mmadụ iji gosi adịmiche maọbụ iji kwanyere mmadụ ugwu, tụmadị mgbe onye a na-ekwu maka ya tọrọ okwuu. Ndị bụ enyi nwekwara ike ịkpọrịta onwe ha AIA iji gosi adịmnamma ha.

**Aha ị̀zìzì na aha ìkpeazụ̄ (AIAIK):** O nwere ọtụtụ oge e nwere ike ịkpọ mmadụ aha ya niile n'uju, ya bụ mgbe a makọrọ aha izizi na aha ikpeazụ onye ahụ. Eleanọ (1997) na-egosi na oge ụfọdụ, ndị mmadụ na-akpọkarị ibe ha aha n'uju ọkachasị mgbe okwuu chọrọ igosi ndịiche na mmadụ abụọ na-aza otu ụdị aha izizi. O nwekwara mgbe okenye nwere ike ịkpọ nwata aha ya n'uju iji dọọ ya aka na ntị tụmadị mgbe nwata ahụ mere ihe adịghị mma; nwekwaa mgbe okenye nwere ike ịkpọ okenye ibe ya aha n'uju.

**Akpọmakpọ ndị ezinaụlọ̀**: Nke a bụ aha ndị nọ n'otu ezinaụlọ na-akpọrịta onwe ha iji zipụta ihe jikọrọ ha. Eleanọ (1997) chọpụtara ụfọdụ ihe ndị mba Amerika na-akpọ ndị ezinaụlọ ha dịka, *father* bụ nke ha nwekwara ike ịkpọ *daddy*; *mother* onye ha nwekwara ike ịkpọ *mum* maọbụ *mummy*. Eleanọ kwuru na ndị mba Amerika na-akpọ nwanne ha nwoke *brother* maọbụ AI ha; ha nwekwara ike ịkpọ nwanne ha nwaanyị *sister* maọbụ AI ha na ọtụtụ ndị ọzọ. Ideh

(2019) chọpụtara ụfọdụ aha ndị ezinaụlọ (ANE) nke ndị Igbo dịka mgbe ha nwere ike ịkpọ nna ha ʽʽPapa/Mpa/Daadii/Nnaʼʼ maọbụ kpọọ nne ha ʽʽMama, Mma, Mọọmịị/Nneʼʼ na ọtụtụ ndị ọzọ.

**Ahà echichi:** Aha echichi (AO) bụ ụdị aha dị iche iche e nwere ike ịkpọ ụfọdụ mmadụ chiri echichi n'agbanyeghị afọ ole onye ahụ dị, ọkwa maọbụ usoro okpukpe onye ahụ (Wardhaugh, 2010). Dickey (1997) na-ekwu na a na-eji ụdị okwu akpọmakpọ a egosi ụdị echichi mmadụ chiri ma na-ejikwa ya ezipụta nkwanye ugwu.

**Aha otutu**: Aha otutu na-abụkarị aha na-egosi na mmadụ maara ibe ya nke ọma. Na nkọwa nke Kahari (1990), aha otutu nke anyị ga-akpọ AO bido ugbua bụ ụdị aha e nwere ike iji kọwaa ụdị agwa mmadụ, etu onye ahụ dị maọbụ ụdị agwa onye ahụ na-akpa. Mmadụ nwekwara ike iji aka ya nye onwe ya aha otutu site n'agwa ọ hụrụ onye ọzọ na-akpa, ma chọọ ka ọ zawa aha onye ahụ. Mashiri (1999) tụpụtara na aha otutu ụfọdụ mmadụ na-aza maọbụ nke ha nyere onwe ha bụ nke nwere ike igosi ụdị mmadụ onye ahụ bụ.

**Akpọmakpọ nkwanye ùgwù**

Kahari (1990) mere ka a mara na akpọmakpọ nkwanye ugwu (ANU) bụ mkpụrụokwu maọbụ okwu ndị ahụ e ji ezipụta na onye a na-agwa okwu, akpọ maọbụ ekwu maka ya nwere ọkwa dị elu n'obodo. Kahari nyere ọmụmaatụ okwu akpọmakpọ nkwanye ugwu n'asụsụ Bekee dịka, *Sir, Your Excellency, Lord, Lady*, w.d.g. Dịka Allakbari na Toni (2008) siri kọwaa, okwu akpọmakpọ nkwanye ugwu na sayensị asụsụ na-ezipụta adịmiche ogo òtù, oluọma, nrube isi, nkwanye ugwu, w.d.g. Ha chịkọtara ihe ha kọwara site n'ikwu na a na-eji ụdị okwu akpọmakpọ a egosi ezi agwa na oluọma. Dịka ọ dị na Igbo Phrasebook (2013), ndị Igbo na-eji ANU akpọ ndị nwere nnukwu ọkwa n'ọha. Ụfọdụ n'ime ha gụnyere: 'Maàzị', 'Deè', 'Deèdè', 'Daa', 'Daadā', 'Ìchiè'.

**Ahà ngosi ịhụnanya**

Aha ngosi ịhụnanya (ANỊ) bụ aha ndị hụrụ onwe ha n'anya ji akpọrịta onwe maọbụ nke mmadụ ji akpọ onye ọ hụrụ n'anya, (Kahari, 1990). O kwuru na mgbe a na-eme nke a, a na-eji olu nwayọ iji gosi adịmnamma ndị ha na ibe ha na-akpakọrịta. Okwuu na onye ọ na-agwa na-akpọrịta onwe ha aha na-egosi ihe jikọtara ha maọbụ etu ha siri didewe na mma. Kahari (1990) nyere ụfọdụ ọmụmaatụ ụdị akpọmakpọ a n'Bekee dịka, *my dear*, *my beauty*, *sweat heart*, *darling*, *honey*, wdg.

**Akpọmakpọ ǹnọ̀chionyè**

Nnọchionye na nkọwa Okafọ na Ewelụkwa (2018) bụ nnọchiaha ndị ahụ na-anọchi anya 'onye', 'mmadụ', maọbụ anya ihe a kpọpụtara aha ya. Ọfọmata (2018) n'aka nke ya kọwara na nnọchionye bụ nnọchiaha ndị ahụ na-akọwa kpọmkwem onye a na-ekwu maka ya n'ahịrịokwu. Mkpụrụokwu a maara dịka nnọchionye bụ: m, gị, ya, anyị, unu, ha, o, ọ. Anyị ga-akpọ ha ANN.

**Akpọmakpọ efù:** Akpọmakpọ efu (AEF) bụ ụdị akpọmakpọ okwuu ji akpọ onye o jighị n'aka ihe bụ aha ya maọbụ onye ọ maghị aha ya (Bruan, 1988). Ọtụtụ oge, okwuu nwere ike

ịma aha onye ọ chọrọ ịkpọ mana ọ chọghị ịkpọ onye ahụ aha ya. E nwekwara ike iji ụdị akpọmakpọ a mee ka onye nọ mmadụ ote aka mara na ọ bụ ya ka a na-akpọ.

**Akpọmakpọ ahaǹkọwa:** Akpọmakpọ ahankọwa (ANN) dịka aha ya siri dị bụ aha e ji akọwa onye a na-ekwu maka ya maọbụ agwa okwu (Ọfọmata, 2018; Okafọ na Ewelukwa, 2018). Ha kwuru na ahankọwa bụ mkpụrụokwu e ji akọwa mkpọaha. Ha kọwara na ọ bụghị okwu ọbụla na-akọwa aha bụ nkọwaaha. Mkpụrụokwu ndị e ji eme nkọwa bụ ndị a: ọcha, ukwu, ọma, ojii, ajọ/ọjọọ, nta, w.d.g.

**Teknọniimì:** Teknọniimi (TKM) bụ otu n'ime akpọmakpọ e nwere. Na nkọwa nke Akindele (2008) teknọniimi bụ aha maọbụ usoro akpọmakpọ a na-enweta mgbe e jikọtara aha ezinaụlọ nne maọbụ nke nna na aha nwa ha, ihe e jiri mara ha maọbụ ụdị ọrụ ha na-arụ. Akindele (2008) na-egosi na ụdị aha ndị a na-agbagote n'ọkwa teknọniimi mgbe ha bịara nọchie ahaaka maọbụ aha izizi onye ahụ. O nyere ọmụmaatụ dịka, 'mama Akin', *Akin'smother*, 'baba John' *John's father*, 'mama Lọya' *Lawyer'smother*, w.d.g

## Ntụleghariị agụmagụ

A tụleghariri ụfọdụ nchọcha ndị ọkachamara mere bụ ndị yitere isiokwu nchọcha nke ugbu a iji mara ebe nchọcha nke a ga-awụdo ụkwụ. Na nchọcha nke Ugorji (2009) mere gbasara okwu akpọmakpọ ndị e ji egosi okwu oluọma n'ime ezinaụlọ na Mbieri dị n'Owere na Steeti Imo, Ugorji mere ka a mara site na nchọpụta ya na ọtụtụ ndị mmadụ na-esi n'ụzọ okwu akpọmakpọ egosi nkwanye ugwu na oluọma. Ugorji kọwara na ndị Mbieri na-akpọ nwoke tọrọ ha 'Deè' maọbụ 'Deedè'. O kwuru na ha nwekwara ike ịmakọ ya na aha izizi (AI) dịka 'Deè Chukwuma' maọbụ 'Deedè Chukwuma'. Ha na-akpọ okenye nwaanyị maọbụ nwaanyị tọrọ ha 'Daā' maọbụ 'Daadā' makọọ ya na AI onye ahụ dịka, 'Daà Chiọma' maọbụ 'Dáádā Chiọma'. Ugorji kwuru na ọtụtụ oge, ihe na-akpali ụdị akpọmakpọ a bụ etu mmadụ na ibe ya siri dị maọbụ ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya. Ugorji chọpụtakwara ụfọdụ aha ndị ezinaụlọ (ANE) na aha nkwanye ugwu (ANU) ndị Mbieri na-akpọ ndị okenye, ndị tọrọ ha maọbụ ndị ka ha n'ọkwa dịka 'nna anyị', 'nna m ukwu', 'nne anyị ukwu', w.d.g. Nchọcha a nwetara ntụziaka na ya n'ihi na o mere ka a chọpụta ụfọdụ akpọmakpọ ndị ezinaụlọ dịka ọ dị na Mbieri.

Nchọcha ọzọ metụtara isiokwu nchọcha a bụ nke Ezeifeka na Ojonugwa (2019) mere iji chọpụta etu ndị Ịgala na ndị Igbo si eji okwu akpọmakpọ ndị ezinaụlọ ezipụta oluọma maọbụ agwa ọma. Ha mere nchọcha a ịmara etu obodo abụọ ndị a si eji okwu akpọmakpọ egosi ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya n'ime ezinaụlọ dị iche iche, ya na izipụta etu ha si eji aha nkwanye ugwu arụ ọrụ n'ezinaụlọ. Ezeifeka na Ojonugwa (2019) jiri atụtụ oluọma nke Levinson na Brown were tụchaa ngwa nchọcha ha. Ha chọpụtara na obodo abụọ ndị a na-akwanyere ndị okenye ugwu n'ụzọ pụrụ iche ma bụrụkwa ndị ejighị omenala ha egwu egwu. Ihe ndị a pụtara ihe etu ndị Igbo na ndị Ịgala si eji usoro okwu akpọakpọ ọkacha nke ndị ezinaụlọ egosi ịdị n'otu na ịkwanyere onye ọbụla ugwu ruuru ya. Ezeifeka na Ojonugwa dịka nchọpụta ha siri gosi, ọtụtụ ndị Igbo na ndị Ịgala anaghị achọ ka ha mechuo onwe ha maọbụ onye ọzọ ihu. Ọtụtụ oge ka ha na-agba mbọ hụ na ha na-akpọ onye ọbụla aha ha kwesịrị ịkpọ ya. Ha chọpụtakwara na a na-enwe iwe na mgbarụ ihu mgbe mmadụ kpọrọ ibe ya aha o kwesighị ịkpọ ya, ọkachasị n'ime ezinaụlọ. Nchọcha nke ugbua nwetara enyemaka na ya n'ihi na

nchọcha nke ugbua lebara anya n'ụdị okwu akpọmakpọ dị iche iche ndị nọ n'otu ezinaụlọ na-akpọ onwe ha.

Nchọcha nke Ideh (2019) mere gbasara aha na okwu akpọmakpọ n'Igbo bụ nchọcha ọzọ metụtara isiokwu nchọcha a. O mere nchọcha maka ahaaka ụfọdụ ndị mmadụ na-aza, ọkacha ndị okenye, ya na aha ndị ọzọ e nwere ike ịkpọ onye ahụ ma e wezuga ahaaka ya. Ọ chọpụtara na e nwere ọtụtụ ihe nwere ike ime ka mmadụ kpọọ mmadụ aha ọzọ abụghị ahaaka onye ahụ. O kwuru na o nwere ike ịbụ site n'usoro obibi ndụ ndị, ọnọdụ okwuu na ọnụụ, nsiniiwu obodo maọbụ nke ndị ụka, maọbụ afọ̀ okwuu na ọnụụ. Ideh mere ka a mata na e nwere ọtụtụ aha maọbụ okwu akpọmakpọ ụfọdụ mmadụ na-akpọ ndị tọrọ ha maọbụ ndị okenye iji gbara ihu maọbụ gosi nkwanye ugwu. Ụfọdụ ọmụmaatụ ọ chọpụtara bụ aha maọbụ okwu akpọmakpọ e ji akpọ nwoke dịka, nwaanyị nwere ike ịkpọ di ya 'di m, nna m ukwu, ọga m'; nwa nwere ike ịkpọ nna ya 'papa, nnaa, *dad/daddy*'; ndị agbataobi nwere ike ịkpọ nna mmadụ 'papa/nna/*daddy* Uche'; ndị otu ọgbọ mmadụ nwere ike ịkpọ onye ahụ aha otutu dịka 'Ọnọnenyi', w.d.g. Ideh (2019) kpebiri na ndị Igbo bụ ndị na-akpọ mmadụ aha site ka usoro obibi ndụ ha siri dị. O kwuru na ụmụaka anaghị akpọ okenye ahaaka ha, mana ndị okenye nwere ike ịkpọ ụmụaka aha ha. Nchọcha a nyere aka gosi otu n'ime nsiniiwu ndị Igbo nke pụtara ihe n'igosị ọtụtụ aha maọbụ okwu akpọmakpọ ndị ahụ a na-akpọkarị ndị okenye maọbụ ọtụtụ mmadụ iji gosi nkwanye ugwu, nrube isi na ịgbara ihu.

**Usoro nchọcha**

Nchọcha a bụ nke e mere n'usoro asụsụ m̀mèrènòòtù. Ebe e mere nchọcha a bụ n'Ọba nke dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugu. Ọ gaghị adị mfe iji ndị Ọba niile were mee nchọcha. N'ihi nke a, iji nweta ihe a tụrụ anya na nchọcha a, e sitere n'ogbe asaa dị n'Ọba họọrọ mmadụ asatọ n'ogbe ọbụla nke mere ka ọnụgụ ndị e jiri mee nchọcha dị mmadụ iri ise na isii. Ndị mejupụtara ọnụọgụ a bụ ụmụaka, ndị ntorobịa na ndị okenye. Site n'ogbe ọbụla, a họọrọ ụmụaka abụọ nọ n'agbata afọ̀ 8 ruo afọ̀ 17; ndị ntorobịa nọ n'agbata afọ 18 ruo n'afọ̀ 35; ndị okenye nọ n'agbata afọ̀ 36 ruo afọ̀ 55 na ndị okenye ndị katara ahụ nọ n'agbata afọ 56 were gbagowe.

**Ngosipụta okwu akpọmakọ ndị a chọpụtara**

Site n'azịza ndị a gbara ajụjụ ọnụ zara, a chọpụtara ọtụtụ okwu akpọmakkpọ ndị ezinaụlọ n'Ọba ji akpọrịta onwe ha mgbe ha nọ onwe ha nso maọbụ mgbe onye a na-akpọ maọbụ ekwu maka ya anọghị ebe a na-ekwu okwu. E gosipụtara ha n'okpuru ebe a:

**Okwu akpọmakpọ maka 'nna' n'Ọba**

| Àgbàtà afọ̀ | Okwu Akpọmakpọ |
|---|---|
| 8 – 17 | ANE - Daadii, Papa |
| 18 – 35 | ANE - Daadii, Papa |
| 36 – 55 | ANE - Daadii, Papa |
| 36 – gbagowe | ANE - Papa<br>AO - Òdùmodù, Ị̀chàkà, Ègèdegè, w.d.g.<br>AE- 'Ògbueshu,/ɔkənerere/, 'Ògbuènyị̀nyà', 'Ọ̀kanyà', w.d.g.<br><br>ANU: Nna anyị̄ |

**Okwu akpọmakpọ ndị Ọba maka 'nne'**

| Àgbàtà afọ̀ | Okwu Akpọmakpọ |
|---|---|
| 8 – 17 | ANE - Mọọmịị, Mama |
| 18 – 35 | ANE - Mọọmịị, Mama |
| 36 – 55 | ANE - Mọọmịị, Mama |
| 36 – gbagowe | ANE - Mama<br>AO - Ọ̀chị̀ùgò, Egbeoyìbo, /dibəugwu/, Ècharaùgò, w.d.g.<br><br>AE -/nedəmma/, Ezinne, Neokwukwe, /neiwʰʊneɲa/, w.d.g |

**Okwu Akpọmakpọ ndị Ọba maka 'Nwa'**

**Okwu Akpọmakpọ Maka Nwa Nwokē:**

| Àgbàtà afọ̀ | Okwu Akpọmakpọ |
|---|---|
| 18 – gbagowe | Aha izizi (AI): Ònyebụ̀chi, Ọfọmà Ikechukwu, Èjị̀ọ̀fọ, Nzùbechukwu, Ònyekàchi, Chidièbere, w.d.g. |
| | Mkpọbiri aha izizi (MAI): Ọ̀fọ, Ònyebụ̀, Nzùbe, Chidì, w.d.g. |
| | Aha mmenwa (AMN): Nwokeọma, Bọ̀ị, Ụ̀sọnwa, Òyòomu, w.d.g. |
| | Teknọniimi (TKM): Pàpa Ùgò, Pàpa Ngọzị, Pàpa Onyemà, w.d.g. |
| | Akpọmakpọ efu (AEF): bịa, lèe enyā', 'bịa nwàbe' maọbụ 'bị̀aleka |
| | Akpọmakpọ ịkwa emo (AIE): 'Ejọ nwa', '/anəmanə/', mgbashị', 'ewu', /eʃɪ/ '/atərə/, w.d.g. |
| | Aha izizi na aha ikpeazụ (AIAIK): Àmàechi Ugwuọna, Ikechukwu Ọjọbọ, Ọ̀fọmà Ǹgwù, Ònyema Mba, w.d.g. |
| | Okwu akpọmakpọ mgbagharị (OAM): 'Pàpa, 'Nnà m', Pàpa /ʃire/, Nwanē, Dàadiì, w.d.g. |
| | Aha otutu (AO): Òmegènnàya, /agə m/, Ọ̀chọudo, Odogwu, w.d.g. |
| | Aha echichi (AE): /agəiyi/, /ogbeʃu/, Ọnọnenyi, Fada, Pastọ w.d.g. |
| | Aha ngosi akaọrụ (ANA): Dọktọ, /nɔsə/, Lọya, Njiniya Barịsta, w.d.g. |
| | NKM: Ọkpara m, Nwa m nwokē |

**Okwu Akpọmakpọ maka Nwa Nwaanyị**

| Agbata afọ̀ | Okwu Akpọmakpọ |
|---|---|
| 18 – gbagowe | Aha izizi (AI): Ọ̀bịanùju, Chinènyenwā, Ròtennà, Nwamaka, Nwụkà, Ụzọ̀àmaka, w.d.g. |
| | Mkpọbiri aha izizi (MAI): Nọnye, Ọ̀bịà, Ròte, Ụzọ̀. Chìi, Chinwè, Ụkà |
| | Aha mmenwa (AMN): Bèbi, Asa, Ọ̀yòoyò, w.d.g. |
| | Teknọniimi (TKM): Màma Ngọzịkà, Mọ̀ọmị̀ Ifìi, Màma Ìzùnnà, w.d.g. |
| | Akpọmakpọ efu (AEF): bịa, lèe enyā', 'bịa nwàbe' maọbụ 'bị̀aleka |
| | Akpọmakpọ ịkwa emo (AIE): Ejọ nwā', '/anəmanə/', mgbàshị', 'ewu', /eʃɪ/ '/atərə/, w.d.g. |
| | Aha izizi na aha ikpeazụ (AIAIK): Chèkwube Ọ̀nugwu, Ngọzịka Ugwuanyị, Ijèọma Ọsaị̀, Ǹdìdiàmaka Ǹgwù, w.d.g. |
| | Okwu akpọmakpọ mgbagharị (OAM): Màma, Nne m, Mọ̀ọmị̀ị, Màma /ʃire/, Nwanē, w.d.g. |
| | Aha otutu (AO): Ọ̀cheǹdò, Dibụ̀ù2gwù, Ọ̀chọmmā, w.d.g. |
| | Aha echichi (AE): Nebụ̀ùgwù, Neòkwùkwe, Ezinne, w.d.g. |
| | Aha ngosi akaọrụ (ANA): Dọktọ, /nɔsə/, Lọya, Barịsta, Njiniya, w.d.g. |
| | NKM: Nwa m nwaanyị, Ada m nwaanyị, w.d.g. |
| | OAM: /nemə/, Mama, Mọọmịị |

**Okwu Akpọmakpọ maka 'di'**

**Mgbe naanị di na nwunye nọ**

| Agbata afọ̀ | Okwu Akpọmakpọ |
|---|---|
| 18 – gbagowe | ANE: Daadii, Papa |
| | ANỊ: Ǹkèm, /ɔdəmnobə/, /obəm/, /ʊtəm/, w.d.g. |
| | AO: Ọ̀dogwu, Dogo, /ɔʧirəɔzma/, Èkwuème, Ọ̀shìmìrì, w.d.g. |
| | AE: Ukwuǹgwù, Atamà, /arəma/, Ọmenọ̀hà, Ekajimbà, /ɔʧirəzəma/ |
| | AI: Ìzùnnà, Chinwèụbā, Àmàechi, w.d.g.<br><br>MAI: Kwàdo, Ùdokà, Èmeka, , w.d.g. |
| | ANU: /dɪ mə/, /ɔga mə/, Nna anyị |
| | TKM: Pàpa Uju, Pàpa Chizàrà, Dàadìi Onyema, w.d.g. |

**Mgbe ha nọ n'ihu ụmụaka ha**

A chọpụtara site n'azịza ndị a gbara ajụjụ na ọtụtụ ndị Ọba na-eji otu ụdị akpọmakpọ ndị ahụ ha na-eji akpọ di ha mgbe ọ bụ naanị ha nọ were ha na-akpọ di ha mgbe ha nọ n'ihu nwa maọbụ ụmụ ha. Ụdị okwu akpọmakpọ ndị ahụ gụnyere, TKM, AO, AE, ANỊ, ANE, AI.

**Mgbe ha nọ n'ihu nne na nna ha**
Ndị a gbara ajụjụ mere ka a mara na ụmụnwaanyị ndị Ọba nwere ike iji ọtụtụ okwu akpọmakpọ dị iche iche were kpọọ di ha mgbe ha nọ n'ihu nne na nna ha dịka, 'Daádịí', ˊPapaˋ (ANE), '/ɔga mə/ (ANU)', '/dɪ mə/' (NKM), 'TKM', AO, AE, AI, MAI.

**Okwu akpọmakpọ maka 'nwunyè'**
**Mgbe naanị di na nwunyè nọ**

| Agbata afọ̀ | Okwu Akpọmakpọ |
|---|---|
| 18 – gbagowe | ANE: Mọ̀ọmị̀ị, Màma |
| | ANỊ: Ǹkèm, /ɔdəmnobə/, Enyanwụ̄ ụ̀tụ̀tụ̀, /o rɪekə mə/, w.d.g. |
| | AO: Ị̀jere nwàanyị̀, Egbeoyibo, Ọ̀cheǹdò, Ọ̀gbuènyị̀nyà, w.d.g. |
| | Mama Ọ̀bị̀à, Nne Ọfọma, Mọ̀ọmị̀ị Ù̀dokà, w.d.g. |
| | AE: /nedəmma/, Ezinnē, Neòkwùkwe, /neiwʰʊneɲa/, Nebụnē, w.d.g |
| | AI: Ngọzịkà, Chigọ̀zie, Ѐberechukwu, Ǹdìdiàmaka, w.d.g.<br><br>MAI: Ǹdìdì, Ijè, Nọ̀nye, À̀maka, w.d.g. |
| | AIAIK: Ngọzịkà Nwodò, Ѐbere Ugwuanyị, Ijèọma Agbo, Chiàmaka Ò̀dò, w.d.g. |

**Mgbe ha nọ n'ihu ụmụaka ha**

Site n'azịza ndị a gbara ajụjụ, ndị nchọcha chọpụtara na mgbe di na nwunye nọ ebe ụmụaka ha nọ maọbụ mgbe nwoke na-ekwu maka nwunye ya ebe ụmụaka maọbụ nwa ha nọ, ha nwere ike iji TKM, AI, ANỊ, ANE. Ụfọdụ nwekwara ike ịkpọ nwunye ha AIAIK n'ihu ụmụ ha mgbe ha chọrọ igosi nwunye ha n'ihe ahụ o mere maọbụ ihe ọ na-eme adịghị ya obi mma.

**Mgbe ha nọ n'ihu nne na nna ha**

A chọpụtara na ụmụnwoke ndị Ọba nwere ike ịkpọ nwunye ha ANE dịka 'Mọọmịị', '/nwuɲe mə/', '/oɲe be mə/' (NKM), ANỊ, AMN, AO, AE, AI, MAI, TKM, na ọtụtụ ndị ọzọ.

**Okwu akpọmakpọ ndị Ọba maka 'nwannē'**
**Nwanne nwoke nnukwu**

A chọpụtara ụfọdụ okwu akpọmakpọ mmadụ nwere ike iji kpọọ nwanne ya nnukwu maọbụ onye jiri ọtụtụ afọ bụrụ okwuu ọgbọ dịka:

AI: Chinwèike, Uchènnà, Àmàechi, Chidị̀èberè, Òtìtochukwu, Chikwàdo, Chideràa, Chinọnso, w.d.g.

MAI: Chidị̀, Uchè, Nọ̀nso, Onyìi, Èmeka, Ụbà, Ebùka, w.d.g.

ANE: Pàpa, Dàadii, Brọ̀da, Nwanē

ANE + AI/MAI: Brọda Ònyekà, Brọda Uchè, Brọda Ùdokà, BrọdaÒtìto, Brọda Ifeanyị̀, Brọda Chikwàdo, w.d.g.

TKM: Pàpa Ngọzị, Pàpa Njìdekà, Dàadìi Onyemà, Nna Chidịèberè, w.d.g.

OAM: Ọkpara m̀

AO: Ọ̀sọndị, Èkwuème, Ògbuèbùlè, Òmegènnàya, w.d.g.

AE:/agəɪjɪ/, Ọ̀menọ̀hà, Ekajimbà, w.d.g.

**Okwu akpọmakpọ maka nwanne nwoke obere**

Ụfọdụ okwu akpọmakpọ ndị a chọpụtara ndị Ọba nwere ike iji kpọọ nwanne ha nwoke obere site na ndị a gbara ajụjụ bụ ndị a:

AI: Chinèdu, Chimàraòkè, Òkèchukwu, Àmàechi, Chinèmere, w.d.g.

MAI: Òkè, Onyìi, Sọ̀chi, Ùgò, Chima, w.d.g.

TKM: Pàpa Nọ̀nye, Nna Onyekà, Dàadìi Chikà, w.d.g.

OAM: Pàpa, Dàadìi, Ọkpara m̀

AEF: bịa, lèe enyā’, ‘bịa nwàbe’, ‘bị̀aleka, w.d.g.

AIE: /anə/, ewu, /anəmanə/, eshị̀, w.d.g.

AIAIK: Ụzọ̀àmaka Ogbuu, Ọ̀gọ̀chukwu Ede, Ifeyinwā Ugwuàrụ̀à, Ifeọma Òdò

AMN: Nwokē ọma, Nnàa, Òshike, w.d.g.

**Nwanne nwaanyị nnukwu**

Ndị nchọcha sitekwara n’azịza ndị a gbara ajụjụ ọnụ were chọpụta ụfọdụ okwu akpọmakpọ ndị mmadụ na-eji akpọ nwanne ha nwaanyị obere dịka:

Aha izizi (AI) - Ogèchukwu, Ngọzịkà, Nwamaka, Ijèọma, Ọ̀bị̀àgèri, Chiọma, Àdannē, Nwannekà, Nnekà, Eyiuchè, Àmàrachukwu, na ọtụtụ ndị ọzọ.

MAI -–Nwannē, Nne, Nwaka, Àmaka, Òbìà, Ùju, Chìi, Àda, Ǹdìdì, Ogè, Chinwè, Ọlị̀ị, na ọtụtụ ndị ọzọ.

ANE: Màma, Mọ̀ọmị̀ị, Sìsta, Nwanē

Sista + AI/MAI: Sista Uchè, Sista Chidị̀, Sista Gịnịkà, Sista Ijèọma, w.d.g.

TKM: Mama Ìzùnnà, Ne Onyekà, Mọọmịị Uche, w.d.g.

**Okwu akpọmakpọ maka nwanne nwaanyị obere**

Ụfọdụ okwu akpọmakpọ ndị a chọpụtara mmadụ nwere ike iji kpọọ nwanne ya nwaanyị obere bụ ndị a:

AI: Chidị̀mmā, Chiàgọzie, Okwudịlị, Àmàuche, Chizọ̀ba, w.d.g.

MAI: Chimmā, Okwìi, Uchè, Zọ̀ba, Ọmà, w.d.g.

OAM: Màma, Ǹne, Mọọmịị, w.d.g.

TKM: Màma Ọ̀gọ̀nnà, Ne Ngọzị, Mọọmịị Ụkàmaka, w.d.g.

AEF: bịa, lèe enyā', 'bịa nwàbe', 'bị̀aleka, w.d.g.

AIE: /anə/, ewu, /anəmanə/, eshị̀, mgbashị, w.d.g.

AIAIK - Ifeọma Ọjọbọ, Ogechukwu Ọna, Nneka Ugwuoke, Mmesoọma Ọkanya, Chinyere Ọkanya, Ngọzị Odo, w.d.g.

AMN: Neǹne, Èchàraùgò, Èkwaùgò, Asa, w.d.g.

**Nkọwasị ihe a chọpụtara**

Site na nchọpụta e nwetara, a chọpụtara ọtụtụ okwu akpọmakpọ ndị Ọba ji akpọ nne na nna ha dịka ANE, AO, ANU na AE. Ha anaghị akpọ nne na nna ha aha izizi (AI) n'ihi na ha kwesịrị ịkwanyere ndị mụrụ ha ugwu. Ọtụtụ ndị okenye nwere ike itu nne maọbụ nna ha aha otutu ọtụtụ oge iji kpaa ha obi ọma maọbụ kwanyere ha ugwu ọkacha mgbe ha nọ ebe ndị mmadụ nọ.

E sitere na nchọcha a chọpụta na di na nwunye nwere ike iji okwu akpọmakpọ AO, AE, ANE, ANỊ egosi obiịdịmma na adịmnamma ha nwere ebe ha nọ. Ha na-akpọrịtakwa onwe ha ANE iji gosi ọnọdụ ha n'ezinaụlọ dịka nne na nna. Ọtụtụ oge, nwaanyị na-eji okwu akpọmakpọ ANU maọbụ AE akpọ di ya iji kwanyere ya ugwu. Nwoke na nwunye ya nwekwara ike iji okwu akpọmakpọ AI mọbụ MAI kpọrịta onwe ha mgbe ha amụtabeghị nwa maọbụ ihe chọrọ iji kpọrịta onwe ha. A chọpụtakwara na ọtụtụ oge, na nwoke nwere ike iji AI maọbụ AIAIK kpọọ ya iji gosi iwe maọbụ obi adịghị mma ebe nwunye ya ahụ nọ. N'aka nke ọzọ, nwaanyị anaghị eji ụdị akpọmakpọ ndị a akpọ di ya iji gosi iwe maọbụ obi adịghị mma n'ihi na ha na-

akwanyere di ha ugwu nke ukwuu. Di na nwunye na-ejikwa okwu akpọmakpọ TKM akpọrịta onwe ha iji kwanyere onwe ha ugwu dịka ndị mụtara nwa ma nwee ezinaụlọ zuru oke.

Nchọcha a mere ka a mara na ndị Ọba nwere ike iji okwu akpọmakpọ AI, MAI, AMN, TKM, AIE, OAM, ANA, AO, AE, AIAIK, na ndị ọzọ were kpọọ nwa ha mgbe dị iche iche. A chọpụtara na mgbe mmadụ na-akpọ nwa ya AI maọbụ MAI na ọ na-egosi na ọ bụ nwa mmadụ mụrụ amụ ka o nwere ike ịkpọ ya aha ya n'agbanyeghị afọ̀ ole onye ahụ dị. Ọtụtụ oge, nne maọbụ nna nwere ike ịkpọ nwa ha AMN maọbụ OAM iji gosi ịhụnanya onye ahụ nwere ebe nwa ya ahụ nọ. Ọzọ, ndị nne na nna ndị Ọba nwere ike iji okwu akpọmakpọ AIE maọbụ AIAIK were kpọọ nwa ha iji gosi nwa maọbụ ụmụ ha n'obi adịghị ha mma ebe ha nọ maọbụ iji gosi mgbarụ ihu maka agwa maọbụ agwa ọjọọ onye ahụ na-akpa. Nne maọbụ nna nwekwara ike iji okwu akpọmakpọ AEF kpọọ nwa ha mgbe ha achọghị ịkpọ nwa ha ahụ aha maọbụ mgbe ha chọrọ igosi nwa ahụ n'obi adịghị ha mma ebe ha nọ. A chọpụtakwara na ha na-alọghachi azụ kpọwa nwa ha ahụ aha ha na-akpọ ya na mbụ mgbe onye ahụ gbanwere omume ya maọbụ hapụ agwa ahụ mere ka nne ya maọbụ nna ya were ụdị okwu akpọmakpọ ahụ kpọọ ya. A chọpụtakwara na ndị nne na nna na-agbarụ ihu mgbe onye ọzọ jiri ụdị ndị ahụ kpọọ nwa ha. Ndị nne na nna na-ejikwa okwu akpọmakpọTKM akpọ nwa maọbụ ụmụ ha mụtara nwa iji kwanyere ha ugwu dịka nne maọbụ nna n'ihi na ha amụtala nwa maọbụ nwee ezinụụlọ nke ha. Ọtụtụ mmadụ na-ejikwa TKM akpọ nwa ha iji mee ka ndị ọzọ nọ n'ezinụlọ kwanyere onye ahụ ugwu dịka nne maọbụ nna. Ọtụtụ nne na nna na-eji ANA, AO maọbụ AE akpọ nwa ha iji kwanyere ha ugwu ọkachasị ebe ndị mmadụ nọ.

Nchọpụta e mere gosiri na ụmụnwanne nwere ike ịkpọrịta onweha AI maọbụ MAI tụmadị mgbe ha ejighị ọtụtụ afọ were bụrụ onwe ha ọgbọ. A chọpụtara na nwnne mmadụ nwoke maọbụ nwaanyị nnukwu nwere ike iji okwu akpọmakpọ AIAIK maọbụ AIE were kpọọ nwanne ya obere iji gosi n'obi adịghị yamma ebe nwanne ya obere ahụ nọ maọbụ iji dọọ ya aka na ntịmaka ihe ọ na-eme adịghị mma. Ọzọ, mmadụ nwere ike iji okwu akpọmakpọ AMN maọbụ OAM were kpọọ nwanne ya obere iji gosi nwanne ya ahụ ịhụnanya. E sitere na nchọcha a chọpụta na o nwere ndị Ọba na-akpọ nwanne ha nwoke nnukwu jiri ọtụtụ afọ̀ were bụrụ ha ọgbọ maọbụ nke ha mara na o nwere ike ịmụta ọgbọ ha ʿPapaʾ maọbụ ʿDaadiiʾ (ANE). Ụfọdụ na-akpọkwa nwanne ha nwaanyị ha chere na o nwere ike ịmụta ọgbọ ha ʿMamaʾ maọbụ ʿMọọmịịʾ (ANE) iji kwanyere ha ugwu. Ọtụtụ oge ụmụaka anaghị akpọ nwanne ha nnukwu AI maọbụ MAI kama ha nwere ike iji okwu akpọmakpọ ANE, TKM, AO, AE, were kpọọ nwanne ha nnukwu iji gosi ha nkwanye ugwu.

Ọtụtụ okwu akpọmakpọ e nwetara site na ndị a gbara ajụjụ dịka ʿDaadiiʾ, ʿMọọmịịʾ, ʿBrọdaʾ, ʿSistaʾ, ʿLọyaʾ, ʿBarịstaʾ, ʿNjiniyaʾ na ndị ọzọ bụ okwu ndị e nwetara n'asụsụ Bekee nke ihe kpatara ya bụ ngwakọrịta asụsụ Igbo na asụsụ Bekee, ụmụaka na ndị ntorobịa ejighị asụsụ Igbo kpọrọ ihe maọbụ n'ihi na ndị Igbo enweghị okwu Igbo maka okwu ndị ahụ.

## Mmechi

Nchọcha a emeela ka ọtụtụ okwu akpọmakpọ ndị Ọ̀bà dị n'okpuru ọchịchị Udenu na Steeti Enugwu ji akpọrịta onwe ha maọbụ ekwu maka ndị ezinụlọ ha bụrụ nke a gbara n'anwụ. Okwu akpọmakpọ ndị e nyochara bụ maka nne na nna, di na nwunye nakwa okwu akpọmakpọ ndị ahụ nne maọbụ nna ji akpọ ụmụ ha nwoke na ụmụ ha ndị nwaanyị. Nwanchọcha gakwara n'ihu chọpụta okwu akpọmakpọ ndị ahụ nwanne na nwanne ji akọrịta onwe ha dịka ndị nke nwanne obere ji akpọ nwanne ha nnukwu nakwa okwu akpọmakpọ nwanne nnukwu ji akpọ nwanne ya obere. E sitere na nchọcha a chọpụta na ndị Ọ̀bà na-akwanyere nne na nna ha na ndị kara ha bụrụ okenye n'ezinụlọ ugwu site n'iji okwu akpọmakpọ dabara adaba were akpọ ha, n'ihi nke a, a na-enwe mgbarụ ihu mgbe nwata jiri AI, MAI, AIE maọbụ AEF were kpọọ ndị okenye maọbụ nne na nna ha. Nchọcha a emeela ka a mara na ihe ndị Ọ̀bà na-akpọrịta onwe ha n'ezinụlọ na-ezipụta ihe jikọrọ mmadụ na ibe ya, ọnọdụ onye a na-akpọ maọbụ ekwu maka ya nọ n'ezinụlọ, igosi etu obi siri dị okwuu na onye ọ na-akpọ maọbụ onye ọ na-ekwu maka ya nakwa ọtụtụ ihe ndị ọzọ.

## Arò

Okwu akpọmakpọ dịka anyị maara bụ otu ihe na-ezipụta usoro obibi ndụ na nsiniiwu obodo, n'ihi nke a, nwanchọcha na-atụ aro ka ndị ọkachamara mee nchọcha n'ihe gbaasara ịchọpụta okwu akpọmakpọ maka ndị ezinụlọn'obodo dị iche iche n'ala Igbo. Ọ ga-adịkwa mkpa ka e mee nchọcha gbasara okwu akpọmakpọ ndị ọzọ abụghị ndị ezinụlọ ji eme akpọmakpọ n'ihi na ọ ga-enye aka iwepụ mgbagharị anya ndị mmadụ na-enwe maka ịhọrọ okwu akpọmakpọ dabara adaba nke ga-eme ka mmadụ ghara imechu onwe ya maọbụ onye ọzọ ihu.

## Edensibịa


Allakbari, M. & Toni, A. (2008). "The realization of address terms in modern Persian in Iran: A sociolinguistic study". Linguistik online. 35(3), ihu 250-263.

Braun, F. (1988). Terms of address: Problems of patterns and usage in variouslanguages and culture. Berlin: Mouton de Gruyter.

Brown, R. & Ford, M. (2003). "Address in American English". Na D. H. Hymes (ọhz). Language in culture and society. ihu 123-135.

Brown, P. & Levinson, C. (1987). Politeness: Some universals in languages andcultures. Cambridge: Cambridge University Press.

Dickey, E. (1997). Forms of Address and Terms of Reference. Journal ofLinguistics. 33, Ihu255-274.

Eze, A. U. (2004). The origin of my town 'ọba'. A Term Paper Presented in Partial Fulfilment for the Course Community Life and Development.

Ezeifeka, C. & Ojenugwa, J. S. (2019). "Politeness strategies and address terms in Igbo and Igala kinship cultures". Studies in Literature and Language. 18(2), ihu 44-49.

Ideh, A. E. (2019). "Name and politeness: multiple address terms among theIgbo". Language in India.E wetere ya nawww.Languageinindia.com. 22/2/2022.

Igbo Phrasebook (2013). Addressing people. E wetere ya nahttp://igbophrasebookaddress.html 22//2022.

Kahari, G. P. (1990) The Rise of the Shona novel. Gweru: Mambo Press.

Mashiri, P. (1999). "Terms of address in Shona: a linguistics approach". Zimbezia. 26(1), ihu 125-133.

Murphy, G.L. (1988)." Personal reference in English". Language in Society,17, ihu 121–137.

Nwakego, O. S., & Umezinwa, E. (2015). African Music and the Search for a New Musical Paradigm: A Study of Ikorodo Dance Group of Orba Enugu State, Nigeria. Open Journalof Political Science, 5, 128-134. http://dx.doi.org/10.4236/ojps.2015.52015

Okafo, C. U. & Ewelukwa, U. (2018). Nhazi asụsụ Igbo (usoro ọhụrụ) maka siniọsekọndịrị na koleeji. Onitsha: A.C. Global Publishing Co.

Ugorji, C. U. C. (2009). "Reflections on address forms: Politeness in Igbo family". The International journal of language, society andculture,27, ihu 53–63.

Wardaugh, R. (2010). An introduction to Sociolinguistics. (6th Ed.). Oxford: Blackwell

Yang, C. (2010). "Translation of English and Chinese addressing terms from the cultural aspect".Journal oflanguage teaching and research. 1(5), ihu 738-742.

**Mgbakwụnye 'A'**

## Glọz I

| **Aha Igbo** | **Aha Bekee** |
|---|---|
| adịmnamma | Solidarity |
| akpọmakpọ ahankọwa | descriptive address |
| akpọmakpọ efu | zero address |
| akpọmakpọ mkpọgharị azụ | reverse address |
| akpọmakpọ ndị ezinụụlọ | kinship address |
| akpọmakpọ nkwanye ugwu | honorific address |
| Ahaaka | personal name |
| aha echichi | title name |
| aha ikpeszụ | last name |
| aha izizi | first name |
| aha izizi na aha ikpeazụ | full name |
| aha mmenwa | pet name |
| aha otutu | Nickname |
| asụ̀sụ m̀mèrènòòtù | sociolinguistics |
| akpọmakpọ ngosi akaọrụ | occupational title |
| ịgbara ihu | saving face |
| mkparịtaụka | conversation |
| nkwanye ugwu | respect/deference |
| Nsiniiwu | Norms |
| nrube isi | Humility |
| okwu akpọmakpọ | address terms |
| Okwuu | Speaker |
| ọnọdụ | Context |

**Glọz II**

**Ndepụta n'uju mkpọbiri okwu ụfọdụ**

| **Aha ịchafụ** | **Mkpọrunisi** |
|---|---|
| AE | aha echichi |
| AEF | akpọmakpọ efu |
| AI | aha izizi |
| AIK | aha ikpeazụ |
| AIAIK | aha izizi na aha ikpeazụ |
| AIE | akpọmakpọ ịkwaemo |
| AKE | akpọmakpọ ke ekele |
| AMN | Ahammenwa |
| ANA | aha ngosi akaọrụ |
| ANỊ | aha ngosi ịhụnanya |
| ANU | aha nkwanyeugwu |
| AO | aha otutu |
| NKM | nkebiokwu mkpọoku |
| OAM | okwu akpọmakọ mgbagharị |
| TKM | teknọniimi |

# AFA: NGWA ỌRỤ ỊCHỌPỤTA IHE DARA MMIRI NA NDỤ NDỊ IGBO

**Ifeyinwa Cordelia Isidienu**

**Email Address: ifyisidienu@gmail.com**

**Phone No: 08033027892**

**&**

**Chisom Lawrence Obigwe**

**Ngalaba Amụmamụ Igbo, Afrịka na Nzikọrịta Ozi**
**Mahadum Nnamdị Azikiwe, Ọka**

**Ụmị edemede**

Nchọcha a lebara anya n'ịgba afa dịka otu omenala e ji mara ndị Igbo. Ndị Igbo kwenyere n'afa bụ otu ụzọ kwụọtọ e si achọpụta ihe dara mmiri na ndụ ha. N'ihi nke a, a gbara mgbọ wee mee nchọcha a iji wee gboo nsogbu nghọtaghị ọhanaeze na-enwe gbasara igba afa, tinyere nsogbu ịgba afa aghara aghara jupụtara ebe ụfọdụ. Ebe ọ bụ n'ụfọdụ mmadụ chere na ọ bụ naanị nsogbu na-eduba ndị Igbo n'ịgba afa, n'ihi ya ka e ji kọwapụtazịa ihe ịgba afa bụ n'uju, kọwaa ihe dị iche iche na-duba n'ịgba afa ma zipụtakwa uru na ọghọm di n'ịgba afa. A gbasoro usoro sọọvee wee mee nchọcha a. E mere nchọcha a site n'ịgụ ọtụtụ akwụkwọ ndi ọkachamara dere nakwa site n'igba ndị dibịa ụfọdụ ajụjụ ọnụ. Nchọcha a zipụtara na ewezuga nsogbu na o nwere ụfọdụ ihe ndị ọzọ na-eduba mmadụ n'ịgba afa. A chọpụtakwara na o nwere ndi ọ bụ ọrụ ha iche igba afa. Nchọcha a ga-anapụta ọhanaeze n'aka ndị ọ chaa si gbute, ọ chaghị si gbute. Ọ dị mkpa ka ụfọdụ mmadụ ndị ịgba afa na-abụghị ọrụ ha wepụ aka enwe n'ofe tupu ọ ghọọ aka mmadụ; n'ihi na ọ bụ site n'ịgba afa ka ndị Igbo si achọpụta ihe ọ bụla zoro ezo na ndụ. Ha jikwa ịgba afa a chọpụta ihe ọ bụla gbara ha gharị.

## Okwu mmalite

Ndị Igbo bụ otu n'ime agbụrụ atọ pụtara ihe n'ala Naijirịa. Ha bụ ndị e ji asụsụ Igbo wee mara. Okwu a bụ Igbo bụ okwu e nwere ike izipụta n'uzo atọ gunyere:

E ji ya akọwaputa ebe obibi ha ( Igbo territory)
E ji ya akọwaputa ndị ahụ na-asụ Igbo di ka asụsụ ha (Igbo speakers)
E jikwa ya ezipụta asụsụ ahụ n'ọnwe ya (language itself)

Ndị Igbo bụ ndi na-asụ asụsụ nke abuọ n'ime asụsụ atọ kacha pụta ihe n'ala Naịjiria nke gụnyere Hausa, Igbo na Yoruba. Ha bụ ndị Chineke kesiri ike n'akpụkpụ ahụ ma bụrụkwa ndị na-agba mbọ n'ihe niile. Ụmụ nwọke ha na-ada dimkpa ma na-agbasikwa ike ebe ụmụ nwaanyị ha na-enwe ahụ ma na-amakwa mma ile anya. Ụcha akpụkpọ ahụ ha na-abụkarị oji ma nwekwaa ụfọdụ ndi akpụkpọ ahụ ha na-acha ọcha.

N'ihe gbasara mmalite ndị Igbo, ọ nweghị onye maara oge ma ọ bụ ebe ndi Igbo si malite. Ọtụtụ ndị ọkammụta n'Akịọlọjị, Antrọpọrojị na Hịstrị emeela ọtụtụ nchọcha dị iche iche banyere ebe n'etu ndị Igbo si malite mana o nweghị nke e kwekọrịtara na ya n'ihi na ọ nweghị onye kwenyere na nke ibe ya kwuru. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị gwuru ala n'ebe dị iche iche dị ka Igbo-ukwu na Okigwe ka ha wee chọpụta ihe ga-enyere ha aka ịkọwapụta mmalite ndị igbo. Na nchọpụta ha, a ghọtara na ọ dịlarị anya ndi Igbo ji malite ndụ n'elu ụwa.

Otu ọkammụta bụ Michael Onwuejeogwu, nke bụ ọkammụta na Soshịọlọjị na Antrọpọlọjị kọwara na ndị Igbo malitere ndụ ha n'ihe di ka afọ 948AD, mgbe otu nwoke a na-akpọ Eri malitere ịchịkọta ọtụtụ obodo didebere Osimmiri Ọmabala. Ọ bụ n'oge ahụ ka ya na ndị otu ya chọpụtara obodo ndị a : Agụleri, Umuleri, Igbarịam, Amanuke, Nteje, Nando na Ọkụzu. Ọ bụzi site n'obodo ndị a ka ala Igbo si wee gbasaa.

Ọkammụta Adiele E. Afigbo kwuru na ndi Igbo malitere ndu ha n'ebe Osimmiri Naija na Benue jikọtara nke dị na Lokoja. O mere ka a ghọta na ọ bụ ebe ahụ ka ndị Igbo sikwa wee gbasaa.

Onye ọzọ kwuru ka ndi Igbo si malite bụ Ọluda Equiano, onye mere ka a ghọta na ndi Igbo bụ otu n'ime agbụrụ ndị juu hiere ụzọ oge ha hapụrụ ala Ijipt na-eje ala nkwa. Ihe o jiri kwue nke a bụ na ọ sịrị na ụzọ ndụ ndị juu na nke ndi Igbo yitere onwe ha n'ebe dị iche iche, o kwuru na ọ bụ etu ndị Igbo si e ji ihe mere ha na ndụ agụ nwa ọhụrụ aha ka ndi juu sikwu e ji agụ nwa ọhụrụ aha. O kuru na ndị Igbo na-ebi nwa ugwu na mkpụrụ ụbọchị asatọ a mụrụ nwa dị ka ndị juu si eme, ndị Igbo nwere nkwenye n'otu Chineke nke kere ihe niile dị ka ndị juu si kwenye. Ha kwenyekwara n'ịchụ aja dị iche iche dị ka ndị juu. Mmemme alụmaalụ ha na nke ndị juu yitekwara n'ụzọ dị iche iche. Na nkọwapụta nke a, ụfọdụ ndị Igbo kwenyere na ya ebe ụfọdụ ekwenyeghị n'ihi na ha sịrị na omenala otu agbụrụ na ibe ya nwere ike iyite onwe ha, n'ihi nke a, ọ gaghị eme ka a sị na agbụrụ ndị ahụ bụ otu. N'ihi nkọwa ndị a niile, e nwebeghị kpọmkwem ebe a ga-asị na ọ bụ na ya ka ndị Igbo si mmalite.

Ka o sila dị, ndị Igbo bụ ndị e ji omenala dị iche iche mara. Ha bụkwa ndị na-ejighị omenala na nkwenye ha egwu egwu. N'oge gboo, ha na-akpachapụ anya nke ọma n'idebe na ihubere omenala ha isi. Ka afọ na-aga, mmepe n'ụwa isape anya batara ala Igbo site n'aka ndịọcha, nke mere na ọ dịzị ka a ga-asị na obodo ụfọdụ n'ala Igbo na-echezọ ma na-atụfukwa omenala ha. N'iji kwalite omenala Igbo ka ọ ghara ịnwụ, a bagidere nchọcha a n'otu n'ime ihe ndị e jiri mara ndị Igbo nke bụ "Ịgba Afa". E lebara anya kpọmkwem n'isiokwu bụ "Afa: ngwa ọrụ ịchọpụta ihe dara mmiri na ndụ ndị Igbo" iji chọpụta ọtụtụ ihe nzuzo gbara ya gburugburu.

**Mgbakwasa isiokwu**

Nchọcha a gbadoro ụkwụ n'etu ịgba Afa si bụrụ ngwa ọrụ ichọpụta ihe dara mmiri na ndụ ndị Igbo. Nke a putara na ọ bụ site n'igba Afa n'ala Igbo ka ha si amata ihe ndị ahụ karịrị ihe mmadụ ga-eji anya nkịti wee chọpụta.

Di ka maazị chukwudi Mata *(Ezeala Ogbunike)* na Maazi Ifeanyi Nwabụeze siri kọwaa Afa bu otu nnukwu omenala ndị Igbo nke adighi nchefu, ha ji achọpụta ihe omimi di n'ihe. Ọ bụ ihe ha ji achọputa nke bụ eziokwu mgbe ikpe/okwu kariara ha di ka mmadu nkiti. E nwere ike ịkpọ ya ike afa ma ọ bụ ịkpọ afa. Ka o sila di, ọ di mkpa imata na e nwere dibịa ọrụ ya bụ naanị maka ịgba afa n'oge ochie nke ọ bụ mmụọ a maara dị ka agwụ na-ekpughere ya ihe ndị ọ na-ahụ. Dibịa di etu a na-abụkarị onye ndị ala họputara ijere ha ozi. Ọ bụ onye dị etu a ka ndị mmadụ nkịtị na-agbakwuru ije chọpụta nke na-eme ha ma ọ bụ ihe bụ eziokwu dị n'ihe. ọtụtụ ihe bụ nke na-ebute ịgba afa n'ala Igbo n'oge ochie nakwa oge ugbu a; ihe ndị a bụ nke gunyere: Oke ọnwụ/ ọnwụ ike, ọke uganị, amụghị nwa, ọria, enweghị mmiri ozizo, ezinaụlọ ma ọ bụ mmadụ agaghị n'ihu, inweta ikpe nkwụmọọtọ, obodo agaghị n'ihu, arụ ịbata n'obodo, inweta agamnihu, izu ohi (n'obodo ma ọ bụ ezinulọ), ichi eze ọhụrụ, ịchọpụta ọgbanje, ihọpụta eze ọhụrụ, ihọpụta eze ala ọhụrụ dgz.

Ọzọ dị ka ibe ya bụ na n'ọge ochie, anaghi amụ dibịa afa amụ n'ụdị abụla ụdi. Ọ bụ ndị nna nna anyị ha (ndịichie) na-eji aka ha họrọ onye masịrị ha, ga-ejere ha ọzi. Mgbe ahụ onye ọ bụla ọ mara na-adi iche n'ebe ndị ọzọ nọ n'ihi ebube na-eso dibịa afa.Mgbe dibia afa mara mmadụ, ọ bụ ndị nna nna anyị ha na-eji aka ha kwadoo ma nụchakwaa onye ahụ ha họpụtara ijere ha ozi. Ha na-enye onye ahụ ngwongwo niile onye ahụ ga-eji na-arụ ọrụ di ka ugiri na ihe ndị ọzọ ga.

Ka o sila di, a ga-asi na dibịa afa bụ ọnatarachi nakwa ihe di n'agbụrụ. E kwuru nke a n'ihi na mgbe ọ mara mmadu, onye ahu ruchaa ma bulaa akwụkwọ, dibịa afa ọzọ na-esitekwa n' agbụrụ onye ahụ pụta beeluso na onye ahụ e nweghi ụkụtụ azụ.

N'iga n'ihu, mgbanwe ọha nke a kowara di ka ihe batara gbanwee odidi, ọmenala, nkwenye, na usoro ndi si emebu ihe ha ka ọ nwezi usoro ọgbara ọhụrụ e ji dochie anya ya bataziri wee gbanwee etu e si enwetabu dibia afa ọ wee bụrụzia ihe a na-amụzi amụ. N'ihi ego dizị na ya, ewu na ọkụkọ chịzịrị aka na ọkpa ha wụnye n'ime ya, nke a mere na amaghizi nke bụ ezigbo ya na nke abughị, maka na ngwere niile makpụ amakpu, a maghịzi nke afọ na-arụ.

**Ntụlegharị agụmagụ**

N'ịga n'ihu n'ime nchọcha a, ọ dị mkpa ka a mata ma ghọtakwa ọkpụrụkpụ ndịnechiche gbasara isiokwu a e mere nchọcha n'ime ya. Ọ bụkwa nke a ga-enyekwazịrị anyị aka inwe ezi nghọta gbasara isiokwu ihe e mere nchọcha maka ya. Na nkeji a ka anyị ga-eleba anya n'ụfọdụ ihe dị iche iche ndị mmadụ na ndị ọkammụta delara gbasara ndinechiche dị n'isiokwu a. A gara n'ihu na nchọcha a site n'ịgụ ọtụtụ ihe ndị mmadụ dere maka afa nakwaazị ịgba ndịọkachamara n'ihe gbasara afa ajụjụ ọnụ gbasara isiokwu nke a na-eme nchọcha na ya. E

lebakwara anya n'ịkọwa okwu ụfọdụ dị iche iche metụtara isiokwu a na-eme nchọcha na ya. Ụfọdụ n'ime isiokwu ndị ahụ gụnyere: Omenala, Arụsị (agwu) na afa.

**Nkọwa omenala**

Anozie (2003: 106) kọwara omenala dị ka ụzọ dị iche iche mmadụ si ebi ndụ. Omenala bụ etu ndị si eme ihe ha. A na-ezipụta omenala site n'ejiji, erimeri, ụzọ ndị si eme emume dị iche iche, ekele ha dgz. Ọ gakwara n'ihu kọwaa na omenala gụnyere: ịlụ nwaanyị, egwu, iru mgbede, ọrụaka na echichi dị iche iche dgz. Okafo, Osuji na Uwakwe (2009: 1) kọwara omenala dị ka "etu agbụrụ dị iche iche si ebi ndụ ha ma ọ bụ na-akpa agwa nke onye ọ bụla jiri mara ha. Ha gara n'ihu kọwapụta na omenala na-emetụta ụfọdụ ihe ndị a: ofufe, ekele, ọrụ, ejiji, erimeri, alụmalụ, Egwu, ịkwa ozu, na ịgụ aha. Ogbalu (1981:12) kọwara na ọ bụ omenala mba ka e ji amata ha. Ogbalu gakwara n'ihu kọwaa na omenala mba nwere ike dị mma ma ọ bụ dị njọ. N'ezie, ọ bụghị naanị ihe dị mma bụ omenala, e nwekwara ụfọdụ ihe ọjọọ dịgasị n'omenala. Dịka Metuh (2015:201) siri kọwapụta omenala dị ka igbu ejima na igbu ụmụaka ndị bụ ụzọ puo eze elu na ndị ọzọ abụghị ezigbo omenala n'ala Igbo. Omenala abụghị otu ihe a na-elegara anya kama ọ gụnyere ọtụtụ ihe metụtara ndụ agbụrụ gbaa gburugburu nke mere na Ogbalu (1981: 12) kwuru sị na

> Mgbe a na-ekwu maka omenala Igbo, ọtụtụ ihe ka e bu n'uche dị ka ịdị ndụ ndị Igbo, etu ha si eme omume, agwa ndị mmadụ na-akpaso ibe ha, asụsụ ha, nkwenye, okpukpe na ihe ha na-eme, ọrụ ha na-arụ, etu ha si ewere ihe, mmụta ha, ọdịnala, obibi ndụ ha, otu ha si ezipụta ọṅụ na iru uju, ebimebi ndụ ha, dị ka otu ha si arụọrụ, enwe mmekọrịta, ka ha si azụ onwe ha, enyere onwe ha aka, nri ha na-eri na etu ha si ewe ihe.

Ihe ndị a niile Ogbalu gụpụtasịrị bụ ka o siri metụta omenala Igbo na ka o si metụtakwa omenala mba ndị ọzọ. Ekwealor (2010:29) kwuru na "omenala pụtara otu ndị si ebi ndụ ha. Ọ bụ omenala ndị ka e ji amata ha". Ọ gakwara n'ihu kwuo mkpa omenala dị site n'ịkọwapụta na ọ dị mkpa na ndị ọ bụla ga na-echekwa omenala ha, na agbụrụ ọ bụla enweghị omenala a nwụọla.

Ofomata (2012:35) n'aka nke ya sịrị n'ihe e ji ama ndị ma ọ bụ agbụrụ ma ọ bụ mba bụ omenala. Ihe nke a na-egosipụta bụ na njirimara ndị bụ omenala ha, ọ bụladị onye ọ bụla nwere ụdị omume nke ya dị iche nyegara agbataobi ya. Nke a ka Ofomata jiri gaa n'ihu kwuo na omenala Igbo gbasara omume na akparamagwa ndị Igbo. Eliot (1962) n'aka nke ya kwuru na omenala abụghị naanị mkpokota ihe niile e jiri mara agbụrụ kama ọ bụ ụzọ ndụ ha. Ihe nke a na-akọwa bụ na ọ bụ ihe ndị ahụ agbụrụ na-emegasị e jiri mara ha, ka ha si ahụta ụwa kpatara ha ji eme ihe etu ha si eme.

Omenala bụ ihe e ji mara agbụrụ ọ bụla. E nwere ike ịkọwa ọmenala n'ụzọ dị iche iche. Nke a bụ ụfọdụ nkọwa ọzọ ndị mmadụ nyere maka ọmenala. Taylor (1970:40) n'echiche ya sịrị na Omenala bụ mgbakọta ọnụ nke ihe niile mmadụ mụtara dị ka akaọrụ, nka, nkwenye na amamihe igwe mmadụ nwekọtara ọnụ nke ha n-ahafenyekwa n'aka ụmụ ha, ụmụ ha ahafenye

n'aka ụmụ nke ha ọ wee si etu a na-aga n'ihu. Ọ nweghị ụzọ ọzọ a ga-esi mee nke a na- abụghị site n'inye ụmụaka ọzụzụ n'omenala agbụrụ ha. Na ntụnye nke ya, Kluckholm (nd:4) kwuru na ọmenala bụkwa ihe niile mmadụ mụtara iji chịa ma ọ bụ chekwa akparamagwa ha, dị ka omume, nkwenye, nghọta, na amamuihe ha. A na-amụta ya amụta, ọ bụghị ebumpụta ụwa. Na nghọta odee a, omenala na-enye ndị mmadụ ihe ntụzi aka (guide) maka obibi ndụ ha n'ebe mmekorita mmadụ na ibe ya nọ. Nke a na-egosi na nwata ọ bụla a zụlitere n'ụsoro omenala na-enwe ezi akparamagwa n'ihi na omenala na-achikwa akparamagwa mmadụ.

Linto (1945:4) kwụrụ sị n'omenala bụ etu ndi si eme ihe ha, otu ha si akpa agwa, nkwenye ha, njirimara ha nke ha nabatara ma na-ahafenye ha site n'ogbo rụọ ọgbọ. Ebe a na-akọwa na omenala bụ etu agbụrụ ọ bụla họpụtara ka ha si wee na-eme ihe n'agbụrụ ahụ. Ọ na-akọwakwa na ọ bụ njirimara ndi a mere ha ji di iche n'agbụrụ ndị ọzọ. N'ezie omenala bụ ihe nchepụta dị iche iche sitere n'obi a chikọrọ ọnụ nke mere ka otu agbụrụ dị iche n'agbụrụ ndị ọzọ. Ihe nke a pụtara bụ na omenala bụ mmadụ chepụtara ya ma hiwe ya iji mee ka ndụ na-aga nke ọma n'iji wepụ ngọtahie na ọgbaghara dị iche iche nwere ike ịpụta n'etiti mmadụ na ibe ya. Otu ihe a ga-amatakwa bụ na omenala agbụrụ niile abụghị otu. Ikenna Nzimiri (1972) sịrị na omenala bụ etu ndị sị eme ihe ha. Ya bụ usoro ọ bụla ndị ọ bụla wepụtara ha ga-esi na-ebi ndu ha abụrụla omenala ndị ahụ n'ihi na ha nwere nkwekọrịta ibi ndụ n'ụzọ ahụ.

**Ihe bụ arụsị**

Ndị odee ụfọdụ kọwara arụsị n'ụzọ dị iche iche, Okonkwo (1950:145) kọwara arụsị dị ka mmụọ ndị ahụ a atụrụ atụ ma ọ bụ ndị Igbo ji aka ha mewe site n'okwukwe ha. Ọ gara n'ihu kọwaa na arụsị n'onwe ya na-enwe okwu. Ha na-enwekwa ihe ụfọdụ e ji asọrọ ha nsọ dị ka ọhịa arụsị ma ọ bụ anụ a na-agọrọ ha dị ka ehi, ewu, ọkụkọ wdg. Ọ bụ mmụọ na-echedo elu na ala ndị Igbo. N'oge gboo, o nweghị ihe mmadụ ga-eme ka ọ ghara ịdị na-asọpụrụ arụsị.

Dị ka Ray (1946:21) kọwara na Arụsị bụ mmụọ dị ndụ. Ọ bụghị na-ekeghị ha eke ma ọ bụ na a mụrụ ha amụ, mana nkọwa bụ na ndị mmadụ na-eme ka ha bụrụ nnọnetiti ha na-ebe ha na chi ha nọ. Nzirimiri (1992: 3) kwuru na ndị Igbo nwere ndị eze arụsị abụọ, otu dịbụ adị dị ka omenala sịrị dị, ebe nke abụọ bụ nke eze arụsị ji aka ya họpụta tinyere na ọ bụ naanị ndị nwoke bụ ndị nwere ike inye arụsị nri. Ọtụtụ oge, nwaanyị ruru afọ iri isii wee gbagowe nke nwere ike idobe ihe nzuzo nwekwara ike inye arụsị nri. Nke a zuru Igbo niile ọnụ, onye ọ bụla arụsị họpụtara ka o fee ya ga-efe ya, ọ bụrụ na onye ahụ ajụ arụsị ahụ nwere ike igbu ya ma ọ bụ tipu onye ahụ ara ganye na o kweta ife ya. Onye eze arụsị na-achọpụta ka o fee ya ga-abụ onye dị ọcha n'ime mmụọ ma bụrụ onye na-akwụba aka ya ọtọ. N'otu aka ahụ kwa ka nwaanyị ọ bụla na-ahụ nsọ ya agaghị abanye n'okwu arụsị n'ihi adịghị ọcha. Arụsị niile abụghị otu ihe, o nwere nke ka ibe ya.

Isichei (1977: 15) kwuru na ndị Igbo bụ ndị na-ahụnyere Chineke aja site n'arụsị ha. Nke a mere Okonkwo (1950: 31) jiri mee ka odoo anya site n'ikwu na arụsị dị ka ihe Chineke kere eke na-enyere ya aka n'ọrụ ya n'elu ụwa, ha na-eme nke a site n'ịnatara ha ihe na-aka ha wee bugara ya Chineke ma natara ndị nọ n'ụwa ozi n'aka Chineke. Ndupu (1971: 37) kwuru na ndị Afrịka nke ndị Igbo so na ya na-enye arụsị nnukwu nsọpụrụ mana nke a emeghị ka ha chefuo na ha na-anata ikike n'aka Chukwu bi n'eluigwe. Nke a mere ndị Igbo jiri nabata arụsị dị ka

"mmụọ ndị Chukwu hanyere ndị o kere eke ka ha lekọta ha anya". Ya mere Ogbalu (1972: 38) ji rụtụ aka na Chineke kechara mmadụ bịa kee arụsị ka ọ na-elekọta ha anya tinyere ihe ndị ọzọ o kere n'ụwa. Ọ bụ site n'arụsị ndị a ka mmadụ na Chineke si enwe mmekọrịta. Hornby (1974: 377) kọwara arụsị dị ka ihe e nwere ma na-asọpụrụ dị ka ihe nwere ike n'ebe ihe niile e kere n'ụwa ma na-ahụkwa maka ọdịmma mmadụ. O gosipụtara na ihe ndị e ji anọchite anya arụsị bụ osisi, okwute na ihe ndị ọzọ. Ọ hụrụ arụsị dị ka ihe weere ọnọdụ n'etiti ihe a na-ahụ anya na ihe a naghị ahụ anya. O kwuru na a na-enwe ebe arụsị na-anọ maka mmeju nkwa ya. Dị ka ndị odee niile a kwuru maka arụsị, otu ihe dị mkpa ime ka o doo anya bụ na ọ bụ agwụ ka ikpughe ihe nzuzo dịịrị.

Iji gaa n'ihu, arụsị na ịgba afa nwere mmetụta n'ụzọ gbara ọkpụrụkpụ. Dị ka Okonkwo (1950: 31) siri mee ka anyị mata, arụsị dị ka ihe Chineke kere eke ma nye ya ọrụ ya n'elu ụwa, nke ha na-eme site na ịnatara ya ihe na-akpa mmadụ wee bugara ya Chineke ma wetara ndị nọ n'ụwa ozi n'aka Chineke. Etu ahụ ka ọ si wee kee Agwụ nke ọrụ ya bụ ịkpughe ihe nzuzo niile nye ndị nje ozi ya bụ ndị dibịa afa ma site n'uzo dị etu ahụ gboo mkpa ndị mmadụ.

**Ihe bụ ịgba afa**

Ndị Igbo kwenyere n'ihe anaghị eme na nkịtị. Ọ bụ n'ihi echiche dị etu a ka Isidienu (2014 :179) ji kwue na ndị Igbo na-aga na nke ndị dibịa oge ọ bụla ihe gbara ha gharị. O kwuru na-enwere ụdị dibịa dị iche iche n'ala Igbo gbaa gburugburu. Ụfọdụ bụ dibịa ọgwụ, ụfọdụ abụrụ dibịa mkpọrọgwụ na mkpaakwụkwọ, ebe ụfọdụ bụ dibịa afa. Dibịa ọrụ ya bụ ịchọpụta ihe zoro ezo bụ dibịa afa. Dibịa afa na-achọpụta ihe zoro ezo site n'ịgba afa. Ọ bụkwazị agwụ na-ekpughere dibịa afa ihe zoro ezo. Ekwalor (2013:89-90) kọwara ịgba afa ịgba afa dị ka ụzọ e si achọpụta ihe miri emi nke echiche mmadụ nkiti agaghị enwe ike ịchọpụta. ọ bụ ụzọ e si amata echiche ụmụmmụọ na ndịiche". Ịgba afa bụ mmadụ ịchọpụta ihe miri emi nke mmadụ enweghi ike iji echiche onwe ya chọpụta site n'aka dibịa afa. Ubaesie (1985) kọwara sị "ịgba afa bụ iji chọpụta ihe miri emi di n'etiti ndi mmadụ na ibe ha, ma ọ bụ n'etiti ndị dị ndụ na ndị nwụrụ anwụ" Onumba (2011:167) kọwara igba afa di ka otu n'ime omenala ndị Igbo kwenyesiri ike nke ukwuu ọkachasị ndị anaghị eje ụka. Ọ gara n'ihu kwue n'ịgba afa bụ usoro dibịa afa na-agbaso iji chọpụta ihe bụ uche ndị mmụọ n'ebe ndị mmadụ dị ndụ nọ. Dị ka ọ si kwue, ọ bụ naanị dibịa afa nwere ụdị ọnyinye ịhụ ụzọ dị etu a nke mere ka a sị na ha na-ahụ n'ihe ma na ahụkwa na mmụọ.

Onye ọzọ na-akọwakwa ịgba afa bụ Ifemesia (1979) na-ekwu n'ịgba afa bụ emume e si na ya achọpụta ihe ndị gara aga na ndụ mmadụ, ezinaụlọ, ógbè na obodo, nke mmadụ amaghị, iji nwee ezi nghọta banyere ọnọdụ a nọ n'ime ya ma kwuo maka ọnọdụ nsogbu ahụ n'ọdịnihu. Parrinder (1949) kọwara n'ịgba afa bụ usoro ndị dibịa afa si akọwa ihe omimi dị na ndụ, nye ntụziaka ma na edozi esemokwu.

Nkọwa ọzọ e nyere ịgba afa bụ nke si n'aka Njoku (2002), onye nke kọwara na ọ bụ i ji anya ime mmụọ were jikọọ ụwa mmadụ na ụwa mmụọ ọnụ, iji mee ka a mata ihe ndị gara aga, kwuo ihe ga-eme n'ọdịnihu nakwa ịgụ akara (signs) dị n'ụwa mmụọ na ụwa mmadụ. Umeodinka(2015) kowara afa di ka ụzọ ndị Igbo si achọ isi n'ọchịchịrị gbara n'echiche ha banyere ihe na-eme ha wee banye n'ihe ha ga-eji mata ihe kpatara ihe na-eme ha ji eme ha. Ya

bụ, ọ bụ ụzọ ndị Igbo na-agbaso iji wee mata ihe gbara ha gharịị na ndụ. Ihe nke a pụtara bụ na ndị Igbo anaghị agba nkịtị, tịkọọ aka, ma ihe na-eme ha ma ọ bụ ma ihe gbaa ha gharịị. Ha ga-achọrịrị ịma ebe mmiri si baa n'opi ụgbọgụrụ. Onye Igbo ọ bụla ga-achọrịrị ịmata ihe kpatara ihe na-eme ya ji eme ya. Miller (1931) hụtara ịgba afa dị ka ịkpọkwu ihe karịrị mmadụ, iji mata ihe zoro ezo. O'Boyle (1966) bụ onye ọzọ kọwara ịgba afa dị ka ibu amụma ma ọ bụ ihu ohu iji mee ka a mata ihe zoro ezo nke mmadụ na-amaghị. Bridge (1963) chọpụtara site na nkọwa ya, na ịgba afa bụ mmadụ ije n'arusi ịchọpụta ihe miri emi, ihe ịrịba ama na ihe ngosi gbasara mmadụ.

Nkọwa ọzọ sitere n'aka Read (1999) na-akọwa na a na-esite n'ịgba afa ekwu ihe ndị ka ga-eme n'ọdịnihu. Ka o siladị Ọkammụta Benton (1964) na-akọwakwa ịgba afa dị ka emume nke a na-esite na ya achọpụta ihe zoro ezo ma ọ bụ ihe ga-eme n'ọdịnihu, n'ụzọ karịrị mmadụ. N'idowanye anya, igba afa bụ otu omenala Igbo di ọkpụ nke ha ji egboro onwe ha mkpa ichọputa ihe ọmimi karịrị ha. Ya mere, ịgba afa bụ ijekwu ndị na-ahụ n'ihe zoro ezo iji chọpụta gbasara ihe mgbagwọju anya, nsogbu ma ọ bụ ihe gbara mmadụ gharịị na ndụ.

N'inye mkpebi site n'agụmagụ ndị odee na ọkammuta ndị a, ịgba afa bụ emume e ji achọpụta ihe mmadụ amaghi dị ka ihe ndị gara aga, mpụtara ihe ndị na-eme n'oge ugbu a, na ihe ndị ka ga-eme n'ọdịnihu. Nkọwa ndị a, na-egosi n'agbam afa bụ ihe a na-eme n'etiti ụwa mmụọ na ụwa mmadụ. Mkpughe a na-enweta n'ịgba afa bụ n'ụwa mmụọ ka o si abịa nke ọ bụ mmụọ Agwụ bụ nke na-enyere aka ime nke. Nkọwa ndị a mere ka a mata n'ịgba afa bụ ịjụ ese gbasara ọnọdụ mmadụ nọ n'ime ya, n'aka ihe karịrị mmadụ nghọta. N'ihi nke a, mgbe ụfọdụ iji gbanahụ ndị dibịa afa adigboroja nke oge a, ndị Igbo ụfọdụ anaghị agba afa na nke naanị otu dibịa afa iji nwee ike chịkọta ihe niile ndị dibịa afa ahụ kwuru ma were aka ya kpebie nke bụ eziokwu.

## Ka e si abụ Dibịa Afa

Nchọpụta e mere gosiri na-enwere usoro e si abụ dibịa afa. Ma nke bụ eziokwu akughị mmiri bụ na n'ọge ochie, anaghị amụ dibịa afa amụ. Ọ bụ ndi nna nna anyị ha na-eji aka ha họrọ onye masiri ha ga-ejere ha ọzi. Ha na-eme nke a site n'ikpughere onye ahụ ihe na nrọ, nke na oge ọ bụla ọ dinetụrụ ala ka obere ụra zikụrụ ya, ihe ọ ga-ahụ bụ naanị ebe ọ na-agba afa ma na-egboro ndị mmadụ mkpa ha dị iche iche. Oge ụfọdụ kwa, onye dị etu ahụ na-ahụta onwe ya ebe ya na agadi nwoke ma ọ bụ agadi nwaanyị na-akparịta ụka ma na-agwa ya ihe ga-eme eme n'ọdịnihu ma ọ bụ ozi ọ ga-eje zie mmadụ. Ọ bụrụ na onye ahụ lee anyị nke ọma, ihe ahụ e ziri ya na-abịa na mmezu site na mkpụrụ ụbọchị ole e ziri ya ihe ahụ na nrọ. Oge ụfọdụ, ọ bụrụ na onye ahụ a gaghị zie ozi ahụ, mmụọ ya a gaghị e new ezumiike, mgbe ụfọdụ ọ na-enwegide nsogbu site n'itụrụ ya ahụ ọnwụnwụ wee ruo na ọ zipụ ya bụ ozi. Ha na-esite kwa n'ọnụ ndị dibịa afa obodo ọzọ mee ka a gaa zie onye ahụ, eze obodo ahụ ozi iji mee ka a mata onye ha chọrọ ka ọ jere ha ozi.

N'iga n'ihu, mgbanwe ọha nke batara gbanwee odidi, omenala, nkwenye, na usoro ndị e si emebu na mbụ ka ọ nwezịa usoro ọgbara ọhụrụ e ji dochie anya ya bataziri wee gbanwee etu e si enwetabu dibịa afa ọ wee bụrụzia ihe a na-amụzi amụ. N'ihi ego dị na ya, ewu na ọkụkọ

chịrịzịa aka na ọkpa ha chịnye n'imụ ka e si agba afa. Nke a mere na amaghịzị nke bụ ezigbo ya na nke abụghị maka na ngwere niile makpu amakpu ma a maghịzị nke afọ na-arụ mana otu ihe doro anya bụ na dibịa afa nke ọnatarachi anaghị agba afa ma ọ bụ chụọ àjà n'etiti ehihie n'ihi na ha kwenyere na oge ahụ na ndị mmụọ apụchaala. Ọzọ kwa bụ na ezigbo dibịa afa na-agba afa ọ na ere site n'ịkọwa nke oma ihe a ga-eme wee weta nsogbu e ji maka ya bịa ịgba afa na njedebe.

**Asụsụ afa maọbụ olu afa**

N'eziokwu asụsụ bu ihe mmadu na ibe ya ji enwe ezi mmekọrịta; ya mere ọtụtụ ndị ọkachmara dị ka Derbyshire (1967), Syal na Jindal (2013:5) jiri kọwaa asụsụ ka ụzọ nzikọrịta ozi nakwa ụzọ mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Derbyshire gara n'ihu kwue na ọ bụ naanị mmadụ nwere asụsụ nke na-enyere ya aka na ndụ n'ụwa o bi n'ime ya.

Crystal (1971:175) kọwara asụsụ di ka, ụda olu mmadụ nke a hasiri ahazi n'ụdị ọdịmara nke na-abụghị ebumputa ụwa nke mmadụ mebere o ji akọwapụta echiche site n'okwu ọnụ ma ọ bụ ederede. Nkowa a na-zipụta ihe ole na ole banyere asụsụ. Nke mbụ bụ na, asụsụ bụ ụda mmadụ na-eme, nke nwere nghọta site na nkwekọrịta nke ọha na eze nwe ya. Ọzọ bụ na mmadu esighi n'afọ buru asụsụ pụta ụwa; kama, ọ bụ ihe a na-amụnye mmadụ na ya. Ihe ọzọkwa nkọwa a gosiri bụ na e nwere ike izipụta asụsụ site n'okwu ọnụ ma ọ bụ site n'ederede. Asụsụ afa bụ n'ọnụ ka e si ezipụta ya, ndị Igbo kwenyekwara na ọ bụ mmuọ ka a na-ajuta ihe mgbe a na-agba afa. Ọ di mkpa ka a kọwaa n'asụsụ afa dị iche n'asụsụ mmadụ. Ihe ọ pụtara bụ na asụsụ mmadụ nkịtị na asụsụ afa abụghị otu ihe. Asụsụ afa na abụkarị asụsụ na- agbagwoju mmadụ nkịtị anya, ọ bụ ya mere e jiri nwee dibịa afa dị ka onye ntụgharị n'etiti mmuọ na mmadụ. Ụfọdụ n'ime asụsụ afa gụnyere; ọlodi, otulu ọse, odi n'abọ, ọbara ose dgz.

**Jenda ịgba afa**

Ọ nweghi jenda ịgba afa dịịrị iche, ọ bu onye ọ bịara o mebe ya. Nwoke ma ọ bụ nwaanyị ga-agbanwu afa, naanị n'ịgba afa na-asọ ụfọdụ ihe na-ebe ọ gbasara nwaanyị. Ufodu nsọ ahụ gụnyere;

Ụmụ Nwoke

Nwoke nwere ike itisa ngada mgbe ọ na-agba afa

N w o k e n w e r e i k e ị g b a a f a o g e ọ b u l a

N woke niile na-eji ugiri agba afa

Ụmụ Nwaanyị

Nw a a n y ị an a g h ị etisa ng a d a mg b e ọ na - a g b a af a

Nw a a n y ị n ọ na ns ọ ya an a g h ị ag b a af a

Nwaanyị na-eji ego ayọrọ agba afa,beelụsọ ma nwaanyị ahụ a gafeele ịhụ nsọ ya, ị mara na o nwere ike iji ugiri wee gbaa afa

**Akụrụngwa e ji eke maọbụ agba afa**

Mgbe e kwụrụ maka akụrụngwa ma ọ bụ ngwongwo dibịa afa ji agba/eke afa ya, ọtụtụ mmadụ na-eche na ọ bụ ihe ndị hịara ọke ahụ inweta mana nke bụ eziokwu bụ na ihe ndị ahụ dịcha n'obo aka mmadụ. Ihe ndị Igbo niile na-ejikarị agba afa bụ ugiri. Mana ụmụ nwaanyị ka na-ahụ nsọ ha na-eji ego ayọrọ. Ugiri ahụ na-adị iri na isii nke a ga-agacha n'eriri. N'ime ya kwa, a na-etinye ya ákà (beads) ma ọ bụ mkpụrụ ụdara ka ọ wee sie ike.

**Mkpatara ịgba afa**

Ịgba afa bụ mmadụ ije hụ dibịa afa ka ọ gbaara ya afa. Ọ dị ọtụtụ ihe nwere ike ime ka onye Igbo jebe na nke dibịa afa ka ọ gbaara ya afa. Ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a:

**Ụga ọmụmụ**

Ụga ọmụmụ bụ nsogbu nwaanyị amụtaghị nwa, o nwere ike ọ bụrụ ọ mụta nwa ọ nwụa, nke a mekata kwamgbe kwamgbe, nwaanyị dị etu a na-aga na nke dibịa afa ka a mara ihe kpatara ya. Mgbe ụfọdụ o nwekwara ike bụrụ amụtaghị nwa chaa chaa.

**Ịmata onye lọlọ mmadụ uwa**

Ndị Igbo kwenyere na ndị nwụrụ anwụ tụmadị ndị a kwara ozu ha nke ọma na ndị bụ ezigbo mmadụ mgbe ha biri n'ụwa na-alọghachi azụ n'ụwa n'ụdị nwata a mụrụ ọhụrụ. Ọ bụ ya mere na a mụọ nwata, ndị Igbo na-aga n'afa iji chọpụta onye lọlọ nwata ahụ ụwa, ọ bụrụ na-achọpụtazịa onye lọrọ nwata ahụụwa, a ga-abazị nwata ahụ aha onye ahụ lọrọ ya ụwa.

**Ọrịa alaala**

Ọrịa anaghị ekwe ịla ala ka a n-akpọ ọrịa alaala. Mgbe ụfọdụ a gwọọ ya ọ laa, ọ bịaghachikwa azụ; ọnọdụ dị etu a na-eme ka onye ahụ nọrọ n'oke ihe mgbu. Mgbe ihe dị etu a na-eme, onye ahụ na-aga be dibịa afa ka ọ gbaara ya afa iji chọpụta ihe kpatara ya.

E nwekwara ọtụtụ ihe ndị ọzọ na-ebụte igba afa ma e wepụ ndị a dị n'elu ebe a, ndị ọzọ gụnyere: Oke ọnwụ/ ọnwụ ike, oke ụganị, e nweghị mmiri ozizo, ezinaụlọ ma ọ bụ mmadụ agaghị n'ihu, inweta ikpe nkwụmọtọ, Obodo agaghị n'ihu, arụ ibata n'obodo, ohi, ichi eze ọhụrụ, ọgbanje w.d.g

**Uru ịgba ma ọ bụ ike afa bara**

Ọ na-enyere aka ichọputa eziokwụ di n'ihe
A na-esite n'ịgba afa dị ogologo ndụ
A na-esite n'ịgba afa amata echiche ndi nna nna anyị gbasara ndị dị ndụ
A na-esikwa n'igba afa amata usoro a ga-esi mesi ihe mebiri emebi maka ọdi mma ndị mmadụ
Okwu afa na-abụ eziokwu na ejesịa ọ gwụ.

Ịgba afa na-enye ọhere mmekọrita n’etiti ndị a hụrụ anya na ndị a hụghị anya
Ịgba afa na-eme ka ndị Igbo mara ọrụ dibịa afa na mkpa ha dị na ndụ ndị Igbo.

**Ọghọm ịgba ma ọ bụ ike afa**

Igbo kwenyere n’ebe ụrụ dị eleghị anya ọghọm ole na ole na-abatakwazị na ya. Ọghọm dị n’ịgba afa gụnyere:

A maghịzị dibịa afa nke na-ekwu eziokwu ihe a gwara ya kwue na nka a naghị ekwu eziokwu.

Mgbe e kwuru nke abughị eziokwu, ọ na-ebute esemokwu na mgbasa n’etiti obodo, ezinaulo, umunne dgz.

**Nchịkọta na mmechi**

Na mmalite nchọcha a, e lebara anya na ntọala ndị Igbo. A kọwara na ndị Igbo bụ obodo Chukwu gọziri agọzi site n’iji akụnaụba were chọọ ha mma. E sikwa n’ọtụtụ akwụkwọ ndị e derela na mbụ na ajụjụ ọnụ a gbagasịrị ndị mmadụ wee gosipụta echiche ha niile gbasara ịgba afa.

Ka o siladị, a chọpụtara na ọ bụ ndịichie na-eji aka ha a họrọ onye ga-ejere ha ozi site n'ime ka ọ pụọ iche n'ebe ndị ọzọ nọ. Nke ahụ bụ nke a na-eme site n'ikpughere onye ahụ ihe na nrọ ma ọ bụ isite n'ọnụ dibịa afa ọzọ wee mee nke.

A chọpụtakwara na e nwere asụsụ dị iche nke onye nọ n'etiti ndị a na-agbara afa na Agwụ nke ọ bụ dibịa afa ga-aghọta ma kọwaa. Ọ bụ ya ka a na-akpọ asụsụ afa. A kọwara ịgba afa, nke e kwụrụ na ọ bụ otu ụzọ ndị Igbo ma ọ bụ ndị mmadụ si a chọpụta ihe omimi ma ọ bụ ihe ndi ahụ dara mmiri na ndu ha. Ịgba afa so n’otu ihe dị omimi Chineke nyere mmadụ n’ụwa. A gakwara n’ihu sị n’ịgba afa enweghi jenda ọ dịịrị iche n’ihi na ọ bu ma nwoke ma nwaanyị ka ọ dịịrị ma ewepụ ụfọdụ ihe mere na ụmụ nwaanyị ụfọdụ anaghi agba afa.

**Edensibịa**

Anozie, C.C. (2003). *Igbo Kwenu: Akụkọ na Omenala Ndị Igbo.* Enugu: Computer Edge Publishers.

Bascon, W. (1969). *Ifa Divination: Communication Between God and Men in West Africa.* Bloomington and London: Idiana University Press.

Derbyshire (1967). Archaeological journal. Volume 87

Ekwealor, C.C. (1998). *Omenala na Ewumewu Igbo*. Onitsha: Palma Publishers.

Ifemesia, C.C. (1979). *Traditional Humane Living Among the Igbo*. Enugu: Fourth Dimension.

Isichie, E. (1976). *A History of the Igbo People*. London: Macmillan Press.

Isidienu, I. C. (2014). "Igbo Traditional Occupation and the Sustance of the Modern Man." *Ideal International Journal.* Suleja: Besing Books.

Ndupu, A. O(1972). *Nkwenye n'ekpemekpe ọdịnala*. Onitsha : Varsity press.

Njoku, F.O.C. (2008). *Essays in African Philosophy Thought and Theology.* Enugu: Snaaps Press.

O'Boyle, P. A. (ed.) (1966). *New Catholic Encyclopedia.* Vol. iv. Columbia : McGraw-Hill.

Ofomata, C. E. (2012). *Omenala na ọdịnala Ndị Igbo.* Enugu:Format Pubisher.

Ogbalu, F.C. (1972). *Omenala Igbo*. Onitsha: University Publishers.

Ogbalu, F.C. (1981). *Ndụ Ndị Igbo*. Onitsha: University Publishers.

Okonkwo J. B. C (1950). *Igbo Civilisation, Nri Kingdom and Hegemony.* London : Enthnographica.

Okoye, O.L. (2004). *Ntụziaka maka Ụdaasụsụ, Ụtoaasụsụ na Omenala Igbo*. Enugu: chelys publishers.

Parrinder, E.G. (1980). *African Traditional Religion*. (3rd Ed). London: Epworte Press.

Syal & Jindal. (2001:5). *An Introduction to Linguistics: Language, Grammar & Semantics.* New York : PHL Learning private.

Ubesie, N. T. (1985). *Igbo philosophy*. Lagos: Lantern.

Udechukwu G. I. (2016). *Mgbakoigba Journal of African studies*. Vol. 6 No.1.

Udechukwu, G.I., Ogbagu, J.O., na Nnyigide, N.M. (2015). *Ọmụmụ Agụmagụ na Omenala Igbo*. Enugu: Format Publishers.

Umeodinka A.U, Ugochukwu C.N, Ogwudile C.E.C & Ilechukwu D.I. (2019). *Kpọkọpị Ụtọ Asụsụ Igbo na Ntụgharị maka ndị Sekọndịrị na Mahadum* Awka: Divine press.

# NSIRIHỤ NA MPỤTARA AHA ANỤMANỤ ỤFỌDỤ NA NGHỌTA NDỊ IGBO

**ONYINYE CONSTANCE AMAMGBO**
Department of Igbo, African and Comunication Studies
Nnamdị Azikiwe University, Awka.
08033086688
E-mail: oc.amamgbo@unizik.edu.ng

Na

**FLORENCE UJU IBEH**
Department of Igbo, African and Comunication Studies
Nnamdị Azikiwe University, Awka.
08038742486
E-mail: uf.ibeh@unizik.edu.ng

**Ụmịedemede**

Nchọcha a bụ maka nsirihụ na mpụtara aha anụmanụ ụfọdụ na nghọta ndị Igbo. Ndị Igbo bụ ndị na-echemi echiche ime banyere ihe ụfọdụ digasi na gburugburu ha. Aha bụ otu ihe mmadụ na anụmanụ nwekọrọ ọnụ. Ndị Igbo na-enye ihe ụfọdụ aha dị ka ha siri hụ ihe. Anụmanụ ụfọdụ bụ ndị a na-ahụ na gburugburu ebe mmadụ bi, ebe ụfọdụ bụ ndị dịgasị n'ime ọhịa ebe mmadụ ebighị. Ebe aha bụ ihe e ji mara mmadụ anụmanụ na ihe ndị ọzọ. Ihe kpalitere mmụọ ndị nchọcha ime nchọcha a bụ ime ka ndị mmadụ mata na aha ụfọdụ ụmụ anụmanụ ndị ahụ na-azacha bụ naanị etu ndị Igbo nwe ya siri hụta ya. Ọzọ, ụfọdụ n'ime ha na-akpa agwa ka aha ha na-aza siri dị, etu ha dị n'anya, ebe ha na-enwe mmasị ịnọ dg. Ọzọ, bụ ịchọpụta echiche ndị mmadụ banyere aha e nyere anụmanụ ndị a na ihe kpatara eji nye ha aha dị otu ahụ n'ala Igbo. Ndị nchọcha chọkwara ịmata ma e nwere ugwu na nsọpụrụ ụfọdụ aha ahụ nwere nye anụmanụ na ọrụ aha ndị ahụ na-arụrụ ha n'ụzọ dị iche iche ndị Igbo amabeghị ruo taa. Ndị nchọcha a hụbeghị onye merela nchọcha iji chọpụta aha anụmanụ ụfọdụ na nkwenye ndị Igbo banyere ha. Ihe ndị nchọcha bu n'obi bụ ịchọpụtagasị aha anụmanụ ndị a dịgasị n'ala Igbo n'ụzọ dị iche iche ma detuo ha n'akwụkwọ. Ebumnoobi ndị nchọcha bụ ime ka anya ụmụ afọ Igbo meghee site n'ịmata ihe ụfọdụ zoro ezo maka aha anụmanụ nọgasị na gburugburu ebe ndị mmadụ bi. Atụtụ mgbakwasa ụkwụ nchọcha a bụ atụtụ njieme na atụtụ nrụgaara aka. Nchọcha a gosịrị na ụfọdụ anụmanụ ndị a dị ka aha ha siri dị dịka eke na-enye agwa n'ahụ ya nke na-ekewasị ekewa, agụ na-aghọ nkọ nke ukwuu, mbe na-ebere n'ala dg. Ebe ụfọdụ na-ezipụta onwe ha site n'akparamaagwa ha. E nwere ndị na-enye atakamkpo ego n'ụzọ dị iche iche mgbe e ji ha gwọọ ọgwụ maọbụ ree ha eree n'ahịa. Ọzọ, ndị nchọcha chọpụtara na anụmanụ ndị a nwere ndị bị n'ebe ndị mmadụ bịgasị ma nwee ndị bi n'ime ọhịa dị ka ndị Igbo siri hụta ha. Nchọcha a bụ nchọcha nkọwasị na nkọwami. Ebe ndị nchọcha siri weta ngwa nchọcha ha bụ n'akwụkwọ ọgụgụ dị iche iche, ajụjụ ọnụ ọ gbara ndị maara ihe ekwe na-akụ n'ebe anụmanụ ụfọdụ dị n'ala Igbo. ọzọ, ndị nchọcha gbara ọtụtụ ndị na-azụ ụmụ anụmanụ ajụjụ ọnụ n'ụzọ pụrụ iche. N'ikpeazụ, ndị nchọcha mejupụtara ebumnoobi ya site n'ime ka ụmụ afọ Igbo mata na aha anụmanụ e nwere n'ala Igbo dị n'ụdị dị iche iche.

**Ọkpụkpụrụ okwu:** Nsirihụ, Mpụtara, Aha, Anụmanụ, Nghọta, Ndị Igbo.

**Mkpọlite**

Aha bụ ihe ndị afọ Igbo ọbụla maara nke ọma n'ihi na mmadụ na anụmanụ nwere aha e ji mara nke ọ bụla. Aha bụkwazi ihe e ji maara mmadụ, anụmanụ, osisi, ihe ndị ọzọ ma nke na-eku ume ma nke anaghị eku ume n'ụzọ dị iche iche. O bụ etu a ka o siri metụta anụmanụ ụfọdụ n'ala Igbo. Anụmanụ dị n'ụdị dị iche iche, ndị a bụ anụ ndị na-ebi n'ụlọ na ndị anagh ebi n'ụlọ. Ndị Igbo ịhụtara ụmụ anụmanụ ndị a etu ha siri dị ma nye ha aha dị ka ụdịdị ha, akparamaagwa ha, ebe obibi ebe ụfọdụ n'ime ha bụ ndị a na-akwanyere ugwu ma na-enye nsọpụrụ na ala Igbo niile. Anụmanụ ndị a nwere ndị na-ebinyere mmadụ ebe ụfọdụ n'ime ha anaghị ebi  nso n'ebe mmadụ bi. Nkwenye ndị Igbo banyere anụmanụ a bụ ihe doro anya site na nsirihụ na ndụ ndị Igbo. Ha nkwenyere na anụmanụ ụfọdụ ndị a nwere mkpa ha dị nakwa nchekwaba pụrụ iche ha na-echekwaba ha. Nkwenye ndị Igbo adịghị njọ n'ihi na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza. Ọ bụ site na nkwenye a ndị Igbo nwere mere ka gosipụta onwe site na ịkọwapụta aha anụmanụ dị iche iche e nwegasịrị. Aha ụfọdụ n'ime ha gụnyere ọkụkọ, enwe, ewu, eke, edi, atụrụ, mbe, nkịta dg.

ọ bụ eziokwu na ụfọdụ ndị mmadụ nwere nkwenye dị iche iche dị ka ha siri hụta anụmanụ ndị ahụ n'Obodo dị iche iche mana ọ bụkwa otu mmiri na-asụ n'ite. Nsirihụ onye ọ bụla bụ ka onye ahụ siri hụta ya na ihe ụfọdụ onye ahụ na-echekwa maka ya.  Ndị Igbo bụ ndị na-ejikarị nsirihụ ha arụ ọrụ n'ụzọ dị iche iche. Ihe otu anụ na-egosi maọbụ pụtara n'otu ebe nwere ike abụghị ihe ọ pụtara n'ebe ọzọ .

O bụ eziokwu na ụfọdụ mmadụ agbaala mbọ n'ụzọ dịgasị iche iche gbasara ịchọpụta ihe banyere aha ihe ụfọdụ ma detuo ha n'akwụkwọ dị ka Amamgbo (2021) ebe ụfọdụ mere nchọcha banyere anụ nsọ n'obodo dị iche iche dị ka Umezi (2018) mere maka echiche mbụrụ anụmanụ n'asụsụ Igbo na n'asụsụ Bekee mana ogboghị mkpa niile a chọrọ banyere aha anụmanụ n'ala Igbo. Nke a gosiri na o nwere ebe ka na-eri mperi n'ihi na nchọcha ya gbadoro ụkwụ na echiche mbụrụ nke o ji naanị atụtụ ncheke wee kọwapụta. N'ihi nke a, ndị nchọcha gbadoro ụkwụ na aha anụmanụ ụfọdụgasị nkwenye na echiche n'ala Igbo. Ebe ndị nchọcha bu n'uche ịkọwapụta aha dị ka e jiri mara ihe, depụta aha anụmanụ ụfọdụ e nwere n'ala Igbo, kọwaa ụfọdụ n'ime ha site na atụtụ dabara adaba.

## 2.0 Aha

Okwu a bụ aha pụtara aha dị iche iche ihe dị iche iche na-aza. Ọ bụ ihe e ji mara ha nke na mgbe ọbụla a kpọrọ aha ahụ, onye ọbụla nụrụ ya amarala ihe a na-ekwu maka ya n'echeghị ya eche maọbụkwanụ jụwa ajụjụ ka a kọwaara ya. A bịa n'ala Igbo, aha a baara mmadụ na-enwe mpụtara dị omimi n'ihi na ha anaghị aba aha na nkiti.

Ihe a bụ aha ihe na-azagasị nwere ka o si malite. A bịa n'akwụkwọ nsọ ndị otu Kraịstị, ya bụ Baịbụlụ, ọ kọwara na Eke kere ụwa bụ Chineke kechara ihe niile wee kezie mmadụ n'ikpeazụ ( Gen. 1:27). Onye mbụ O kere bụ nwoke aha ya bụ Adam. Ya bụ Baịbụlụ kọwakwara na Chineke kechara Adam nye ya ikike ka ọ gụọ ihe dum O kere aha. O kwukwara na Adam gụrụ ha aha n'otu n'otu. Aha ahụ Adam gụrụ ihe dum ahụ ka ha na-aza n'ụwa were ruo taa, (Gen. 2:19). Ọ bụ otu a ka aha siri malite e wee nwee aha ihe dum na-aza nke osisi bụ isi a hụrụ kwawa okpu na nchọcha a bụ otu n'ime ha.

N’otu aka ahụkwa, n’ime akwụkwọ nsọ Baịbụlụ, a chọpụtara na o nwere mgbe ụmụ mmadụ malitere rụwa Anyazuru Babel. Ha ji otu obi rụrụ ya na-agbago n’igwe, Chineke lere anya hụ na o nweghị ihe ga-eme ka ha kwụsị ịrụ ya. Akwụkwọ nsọ kwuru na ụwa dum n’oge ahụ na-asụ otu asụsụ, Chineke mere ka asụsụ ha ghara ịbụkwa otu ọzọ. Onye a sịrị ya weta mma, o kute mmiri, onye a sịrị ya kute mmiri, o bute bụlọọkụ (Gen. 11: 1-8). Otu a ka asụsụ dum juru ụwa taa siri bido. N’ime asụsụ dum ahụ, ihe dị iche iche na-azagasị aha dị iche iche. N’asụsụ Igbo, ‘osisi’ na-aza osisi, n’asụsụ Bekee, ọ na-aza ‘tree’, n’asụsụ Ibibio, ọ na-aza ‘etoh’, n’asụsụ Frenchi, ọ na-aza ‘unbre’, n’asụsụ Yoroba, ọ na-aza ‘igi’, ebe Awụsa na-akpọ ya ‘itachi’, n’asụsụ Idoma, ọ na-aza ‘ochi’ n’asụsụ ịgala, ọ na-aza ‘oli’, n’asụsụ Ikayi, ọ na-aza ‘igo’, n’asụsụ Tiv, ọ na-aza ‘kọn’, n’asụsụ Ogori, ọ na-aza ‘oti’, ebe ọ na-aza ‘eto’ n’asụsụ Efik dg.

Geertz (2006) kwuru na aha na-egosi onwe maọbụ onye maọbụ ihe mmadụ bụ dị ka o si metụta ndị nwe onye ahụ, ọkachasị ezinaụlọ nne na nna onye ahụ n’ihi na a na-ewe aha ahụ dị ka nkwanye ugwu n’ebe onye wetara aha nọ. Dị ka Simon na Schueter (1975) siri kwuo, aha pụtara mkpụrụokwu maọbụ okwu ole na ole e ji mara mmadụ, ebe, ihe, ọkwa maọbụ onye ọbụla dị ka njirimara ya. Nke a gosịrị na ọ bụ site n’aha ka e ji amata ihe dị iche iche Chineke kere nakwa ọnọdụ, ogogo na ọkwa ha nọgasị na ya. William (2005) hụrụ aha dị ka okwu maọbụ mkpokọta okwu dị iche iche e ji amata mmadụ. Aha ahụ na-egosipụta njirimara onye ahụ a na-ekwu maka ya kpọmkwem. Ọzọ, aha abụghị naanị ndịiche mmadụ nwere n’ebe ndị ọzọ nọ ka ọ na-egosi kama na ọ na-akọwapụta ụdịdị onye na-aza aha ahụ.

Ọzọ, Ọbaji (1982) kwuru na aha nwere ihe ọ na-egosi, a bịazie n’ebe ndị Igbo nọ, na ọ na-egosi ihe ahụ ndị mmadụ na-aghọta mgbe onye na-aza aha ahụ kpọrọ ya maọbụ mgbe ndị ọzọ kpọrọ ya aha ahụ. Aha na-enye akụkọ ntọala ndụ onye na-aza ya. McGraw (1993) nyere nkọwa nke ya na aha bụ otu mkpụrụokwu maọbụ mkpụrụokwu dị iche iche na-akọwa maka mmadụ, anụmanụ, ebe, ihe maọbụ ogogo ihe dị iche iche.

N’otu aka ahụ, Ekwealọ (1996) kwuru na aha ọbụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta. Ọ kwadoro ihe Mbiti (1977) kwuru na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n’ime ha. O kwukwara na ụfọdụ aha na-akọwa ụdị mmadụ onye ahụ bụ maọbụ akparamagwa ya maọbụ ụfọdụ ihe nrịba ama megasịrị na ndụ onye ahụ. N’ịkwado nke a, ọtụtụ aha na-egosi ihe mere na ndụ mmadụ dị ka Ahamefula, aha a na-egosi na a mụnyere ya bụ ndị nwoke n’etiti ụmụndịanyị nke ga-eme ka ama nna ya ghara ichi kama ka a zara aha ha na-aga n’ihu.

Onye ọzọ nyere nkọwa maka aha bụ Ụbahukwe (1981). O kwuru na aha Afrịka ọbụla na-akọwa onye na-aza ya, na ọ na-akọwakarị maka nne na nna maọbụ ezinaụlọ onye na-aza ya bụ aha. Ọzọkwa, na ọ na-arụga aka na nkwenye obodo a mụnyere onye ahụ. Okodo (1988) kwadoro nkọwa Ụbahụkwe site n’ikwu na otu aha na-akọwa karịa maka nne na nna onye bụ ‘*Ogechukwukamma’.* O kwukwara na ọ bụ ndị mbụ nne na nna ya chọrọ ọtụtụ afọ ka a na-agụ aha a. Ihe ọzọ Okodo kọwara banyere nke a bụ na o nwere ike bụrụ ndị nwoke nne na nna ya mụtarala ọtụtụ ụmụndịanyị tutu a mụọ ya ka a na-agụ ya bụ aha Ogechukwukamma. Ọzokwa, Amamgbo (2011) n’akwụkwọ iduuazị ya ọ kpọrọ ***Ogechukwukamma*** kwadoro ihe Ụbahụekwe na Okodo kwuru.

Nkọwa Mbiti (1979) na nkọwa Ekwealọ (1996) tinyere Shakespeare (2007) na-akọwa otu ihe. Shakespeare na-akọwa na aha ihe na-apụta ihe site n'ihe ihe ahụ na-ezipụta. Ekwealọ kwuru na aha ọbụla e nyere mmadụ nwere ihe ọ na-egosipụta ebe Mbiti sị na aha ndị mba Afrịka dum nwere mpụtara dị n'ime ha. Ọ bụrụ na a tụlee nkọwa atọ ndị ọkammụta a nyegasịrị, ha dum gbadoro ụkwụ n'otu ebe. Bubu na Offiong (2014) kọwara na aha bụ otu ihe gbara ọkpụrụkpụ e ji ahụba mmadụ ama. Ọ bụkwa aha ka e ji gosipụta ndịiche dị n'etiti mmadụ na agbụrụ dị iche iche. Ha gara n'ihu kwuo na ịba mmadụ aha maọbụ aha e nyere mmadụ bụ otu n'ime ihe e nwere ike iji nabata mmadụ n'otu okpukperechi maọbụ nke ọzọ.

Russell (1952) nyere nkọwa n'ihe ọ ghọtara banyere aha mgbe o kwuru na aha ihe na-aza na ihe kọwara ya bụ aha na-abụ otu. Nke a na-akọwa na aha dị iche iche ihe na-aza na-enwe ihe a na-ahụ anya maọbụ ihe a rụgaara aka na-akọwa ya bụ aha. Nke a dabara nke ọma n'ihe atụtụ nrụgara aka na-ekwu maka ya. Atụtụ a na-akọwa na aha na-enwe ihe a hụrụ anya maọbụ ihe a ga-arụ aka na ọ na-ekwu maka ya.

Frege (1952) nyere nkọwa nke ya banyere aha ma kwue na e nwere ike nwee aha mana a gaghị enwe ihe nhụrụnanya aha ahụ a na-ekwu maka ya na-arụ aka. N'uche ndị nchọcha, ihe Frege na-ekwu maka ya bụ maka aha ndị ahụ bụ nhụrụnuche mana ha enweghị ihe nhụrụnanya. E nwegasịrị aha ndị enweghị ihe a na-ahụ anya a ga-asị na ọ bụ ihe ndị ahụ ka a na-ekwu maka ya. Ọmụmaatụ, ihụnanya, aṅụrị, asịrị, aghụghọ, iwe, dg.

A bịa na nkọwa Russell na na nkọwa Frege, e nwere ezigbo ndịiche n'etiti ha abụọ, Russell na-ekwu na aha nwere nhụrụnanya ebe Frege na-ekwu na aha enweghị nhụrụnanya, mana e nwere ọtụtụ aha nwere nhụrụnanya a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka ha. Ọ bụ ya mere Stephen Law jiri gbaghaa nkọwa Frege site n'ikwu na ọ bụrụ na a gbasoo nkọwa Frege, na o nweghị ka a ga-esi nye nkọwa aha nwere ihe nhụrụnanya a na-arụgara aka mgbe a na-ekwu maka aha ahụ.

Na nchịkọta, ndị nchọcha kwuru na nkọwa dum a dabara adaba, ya onwe ya wee kwuo na aha bụ ihe e jiri mara ihe maọbụ mmadụ nke o nweghị onye ya na ibe ya ga-azọ ya azọ n'otu ụzọ maọbụ n'ụzọ ọzọ.

**Ntụleghari Agụmagụ**

N'ebe a, ndị nchọcha ga-eleba anya na nchọcha dị iche iche ndị mmadụ merela banyere isiokwu nchọcha ya n'ihi na nke a ga-enyere ndị nchọcha aka n'ịkọwapụta nchọcha ya nke ọma.

Site na nchọcha Sutherland (1991) mere, ọ kọwara na ndị Gana na-agụ aha site n'ụbọchị dị n'izuụka a mụrụ onye ahụ. Onye a mụrụ ụbọchị mbụ n'izuụka bụ ụbọchị ụka, a na-agụ ya 'Kwesis' ma ọ bụrụ ndị nwoke ebe ndị ndịanyị a mụrụ n'ụbọchị ụka na-aza 'Esis'. Onye a mụrụ n'ụbọchị anọ n'ime izuụka dị ka ndị nwoke na-azakwa 'Kwekus' ebe ndị ndịanyị a mụrụ n'ụbọchị anọ na-aza 'Ekuwas'. Ọ bụ etu a ka ọ dị n'ime ụbọchị ndị ọzọ dịgasị n'izuụka dị iche iche.

N'aka nke ọzọ, Agyekum (2006) na nchọcha ya banyere aha ndị Akan na-aza. Nke ebumnoobi ya bụ ịchọpụta ka aha ndị a na-aza si ezipụta omenala ndị Akan. Ọ chọpụtara na ahaaka e jiri mara ndị Akan bụ ihe kwesịrị ka a tụlegharịa iji mata mmebe ya si egosipụta akụkọ mere eme na nke ka ga-eme n'ọdịnihu tinyere ka aha ndị ahụ si ezipụta nsịrịhụwa ha na echemeche ha. Ọ gara n'ihu kwuo na aha ndị Akan na-aza, na-arụtụ aka n'ihe omimi banyere omenala ha nke pụtara ihe nọrọkwa ka ọdịmara aha ndị ahụ o buuru pụta ụwa nke hiwekarịrị isi n'okpukpere chi ha na nkwenye.

Ihe Agyekum na-akọwapụta n'ebe a bụ na aha ndị Akan na-ezipụtakarị akụkọ mere mgbe gara aga na nke ga-eme n'ọdịnihu, ma na-ezipụtakakwa ka ha siri hụ ụwa na ihe na-eme n'ime ya nakwa nkwenye ha nke hiwere isi n'okpukperechi. Ọ chọpụtakwara na ụmụndịanyị ndị Akan na-agbanwekarị aha ha mgbe ọbụla ha lụrụ di nke ga-eme ka ha hapụ aha nne na nna ha nyere ha zawa aha di na-alụ ha. Agyekum chọpụtakwara na aha ndị Akan na-aza nọ ka ọdịmara nke na-apụta na o nwere ọnọdụ ọ na-anọchi mere o ji dị omimi na nghọta ma wetakwa adịmiche n'etiti onye na-aza aha ahụ na aha ihe ndị ọzọ.

N'otu aka ahụ, Onumajuru (2007), mere nchọcha banyere etu ndị Igbo si emebe aha ha na-aza na mpụtara ha. Ebumnobi nchọcha ya bụ ịchọpụta usoro dị iche iche ndị Igbo si emebe aha ha na-aza. N'otu aka ahụ, ọ chọpụtara na ndị Igbo nwere ụzọ dị iche iche ha si emebe aha ha na-aza n'agbanyeghị na ha niile na-ezipụta ahaaka e ji ahụba mmadụ ama. N'ikwu ihe o kwuru kpọmkwem, Onumajuru (310) kọwara na aha ọbụla ndị Igbo na-aza nwere ụzọ dị iche iche ha si emebe ya. E nwere nke e jiri mara ụmụnwoke na nke e ji mara ụmụndịanyị. Ha niile gbakwasara ụkwụ n'usoro mmebe aha. Aha ọbụla na-agbaso iwu na usoro mmebe nke ha. E nwekwara nke adịghị egosi kpọmkwem na ọ bụ nwoke maọbụ ndịanyị na-aza ya kama nwoke na ndịanyị na-azakọta ya ọnụ. Aha ọbụla na-agbaso usoro mmebe ya. Ha na-emebe aha site na ijikọ mkpụrụokwu na mkpụrụokwu (mkpọaha na mkpọaha, mkpọaha na ngwaa), nkebiokwu, ahịrịokwu, njụajụjụ na mmeju.

Ilogu (1975) nyochara aha ndị Igbo na-aza dị ka o si metụta 'ala' n'Igbo. Ebumnoobi ya bụ ịmata ihe omimi dị n'ala kpataara ndị Igbo ji hụta ya dịka otu ụzọ ha si eji ya emebe aha ha na-aza. Ọ chọpụtara na, ala bụ otu n'ime chi ndị Igbo kwenyere na ya kacha ha mkpa ma baara ha uru karịa ndị ọzọ n'ebe o metụtara ebimụ ndụ ha na nkwenye ha. Chi a bụ ya na-echekwa ha, na-edu ha ma na-ahụkwa maka ọdịmma ha. A kọwara ala dị ka ndịanyị n'ihi ọrụ ọma dị iche iche a na-ahụta n'aka ya. N'ihi na ndị Igbo kwenyere na ọ bụ n'ime aka ndị nna nna anyị ha nwụrụ anwụ bi, ha kwenyekwara na mmụọ nna nna anyị ha na ụmụ mmụọ ndị ọzọ na-abịa anọnyere ha, bụ ndị dị ndụ ma na-enye ha ntụziaka ihe ha ga-eme iji hụ na obodo na-aga n'ihu ma hụkwa na o nweghị onye merụrụ ala. Ndị Igbo kwenyekwara na ọ bụ n'ala ka ezigbo ihe si apụta; ihe oriri niile na-enyere ndụ aka, ma bụrụkwa ebe mmadụ zọdọrọ ụkwụ.

Ọ gara n'ihu kwuo na ndị Igbo na-eji ala agụ ndị aha iji sọpụrụ maọbụ kwanyere ala ugwu dị ka chi na-echekwa ha, na-edu ha, na-alụchitere ha ọgụ maọbụ na-agbara ha ọgụ ma bụrụkwa ebe ihe niile na-enyere ndụ aka si apụta. Ha hụtakwara ala dị ka ebe obibi ndị nna nna anyị ha nwụrụ anwụ bụ ndị na-enyere ha aka mgbe ọbụla ọ gbajuuru dọrọ.

N'ịga n'ihu, Nwigwe (2001) mere nyochara ma nyochapụta etu ndị Igbo si enweta aha ha na-aza n'ebe o metụtara ahịa anọ ndị Igbo nwere ma na-azụ bụ (Eke, Orie, Afọ, Nkwọ). Na nchọcha Nwigwe mere, ọ chọpụtara na ndị Igbo na-agụ ndị aha ahịa anọ ndị Igbo iji hụba ụbọchị a mụrụ ndị ahụ ama. N'okwu ya, aha ahịa anọ ndị Igbo nwere mmụọ nwe nke ọbụla n'ime ha. Mmụọ ndị ahụ na-ejere ụbọchị ahịa anọ ndị a ozi nke a na-ewere gụọ ndị nta a mụrụ ọhụrụ ka ọ bụrụ aha e jiri mara ha. Aha ndị ọzọ a gụrụ mmadụ nwere ọnọdụ na mpụtara ọ na-ezipụta n'ezinaụlọ ya nakwa n'ebe ndị ikwu na ibe ya nọ. A na-akpacha anya ahọrọ aha ndị ahụ ka e were ya na-echeta ihe mere mgbe a mụrụ onye ahụ, ebe aha ahịa a ga-enye ya bụ iji cheta ụbọchị a mụrụ ya.

Otu ọkpụrụkpụ okwu pụtara ihe na nchọcha Nwigwe mere bụ na ndị Igbo ji aha ahịa ha agụ aha iji hụba ụbọchị a mụrụ onye ahụ ama. Nke a pụtara na o zuru ala Igbo niile ọnụ, ebe ụfọdụ na-aza ya dị ka ahaaka mkpa e jiri mara ha.

N'ikpeazụ, dị ka ndị nchọcha siri chọpụta ma hụta ihe gbasara aha bụ na ọ bụ njirimara e ji mara mmadụ kpọmkwem nke na o nweghị onye ya na ya ga-azọ ya azọ. Ọ bụ ihe ka mkpa. Nke gosiri na mmadụ nwere ihe e ji mara ya, anụmanụ nwere nke e ji mara ya, na ihe ndị ọzọgasị nwekwara njirimara nke mmadụ anaghị agbata n'ọsọ.

**3.1 Nnyocha Atụtụ**

N'ebe a, ndị nchọcha tụlere atụtụ echiche ọ ga-eji eme nchọcha ya ma wepụta atụtụ njieme ka ọ bụrụ atụtụ nchọcha ya.

**3.1.1 Atụtụ Njieme**

A bịa n'atụtụ njieme, ndị ọkammụta kwuru okwu banyere ya e bughị ibu, ma ka o sila dị, Paul Horwich n'akwụkwọ o dere n'afọ 1998 ọ kpọrọ *'Meaning'*. Ọ kọwara na ihe na-enye okwu ọbụla echiche ya gbadoro ụkwụ n'ihe e ji ihe ahụ eme n'asụsụ okwu ahụ dị na ya. A bịa n'echiche Wittgenstein na Horwich, e nyochaa ya nke ọma, a ga-achọpụta na ha abụọ na-ekwu otu ihe. N'ịga n'ihu, onye ọzọ kwadoro atụtụ a bụ Ludwig Wittgenstein. N'afọ 1953, o dere akwụkwọ ọ kpọrọ *'Philosophical Investigations'*. N'ime akwụkwọ ahụ ka o kwuru na atụtụ a na-agbaso usoro nsirihụ were enye nkọwa okwu ọbụla. Ọ na-akọwa na echiche na nghọtaokwu ọbụla nwere sitere n'ihe ndị nwe ya ji ya eme n'asụsụ ọ nọ na ya.

Horwich na Wigenstein so na ndị kwenyesiri ike ma na-akwado atụtụ a site n'ịkọwa na okwu ọbụla nwetara echiche ya site n'ihe nwe asụsụ nyere ya. Nkọwa ha na-ekwenye na okwu ọbụla enweghị echiche onwe ya. Atụtụ a bara uru n'ihi na ọ na-egosipụta na okwu dị iche iche n'asụsụ dị iche iche nwetara echiche ha site n'etu ndị nwe asụsụ siri hụ okwu ndị ahụ. Uru atụtụ a bara mere na e ji ya arụ ọrụ rue ugbu a.

Atụtụ a riri mperi n'ụzọ olenaole. O doro anya na echiche nwere ọdịdị nnọrọonwe emetụtaghị ọnọdụ ya n'asụsụ mana atụtụ a na-ekwu na echiche okwu ọbụla gbadoro ụkwụ n'ihe ndị nwe asụsụ kpọrọ ya n'ihi na ọ bụ ihe onye kpọrọ nkịta ya ka ọ na-aza.

**4.0 Aha anụmanụ ụfọdụ na nsirihụ ha n'ala Igbo**

Ndị Igbo nwere nkwenye dị iche iche banyere ihe ụfọdụ n'ime ihe Chineke kere eke. Ka obodo siri dị iche iche ka ihe nkwenye ha n'ọtụtụ ihe ụfọdụ dị gburugburu ha siri dị iche iche mana a kwaa ụkwara ọ bụrụ otu. Nkwenye na nsirihụ dị otu a na-apụtakarị ihe n'ebe ihe ụfọdụ d]gasị dị ka anụmanụ ụfọdụ, anụufe, mmadụ na ụbọchị ahịa amụnyere ha dg. Nsirihụ banyere anụmanụ ndị a abụghị ihe zoro ezo atụmadị n'ala Igbo.

**1 Udele:** Nke a bụ anụ e ji ide ede ma ọ na-efetụ n'ala ebe ozu maọbụ ihe rere ere dị were mara nke ọma. A bịa n'ala Igbo gbaa gburugburu, ọ bụ udele bụ anụ ọ naghị adị ọsọọsọ n'eri ihe oriri. Udele ga-agba mbọ hụ na ọ dere ihe ahụ nke ọma tupu o wee nwee ike i buru ihe ahụ. Ọ bụ nke a mere o ji dịrị ya mfe na ị bute ihe ọ bụla ọ chọrọ ibu n'ihi ọ na-edegbu edegbu tupu o buru ihe ọ bụla ọ chọrọ ma site n'ụdị akparamagwa a wete aha bụ udele.

**2. Atụrụ:** Atụrụ na-aza aha a n'ihi na ọ bụ anụ na-atụsa ahụ n'ịnabata ndịnne maọbụ ụmụnne ya mgbe ọ bụla ha bịakutere ya ma na-atụso onwe ha n'azụ mgbe ọ bụla ha na-aga n'ụzọ. Ọ bụkwa anụ na-atụrụ ụmụ ya ezigbo atụmatụ. Ọ bụghị onye okwu na ụka ma tụtụrụ ndị atụrụ ọzọ leta ya anya nke ọma. Ọ bụ nke a so n'ihe mere ndị Igbo jiri hụta atụrụ dị ka anụ dị nsọ nke mere na ọ bụghị anụ a na-egbu kwa

mgbe. Ọ bụkwa anụ e ji ịkwụ n'ọgbara n'ọgbara wee mara atụmadị mgbe ha na-aga ije.

**3. Nkịta:** Anụmamụ a bụ nkịta bụ anụ na-atakarị ata. Nkịta na-ata ọtụtụ ihe dị ka ọkpukpụ anụ dị iche iche, ata mmadụ, nsi mmadụ, dg. Ọ bụ anụ kara anya nke ukwuu n'ihi na o nweghị ihe ọ bụla bụ egwu n'ime ya. Nkịta na-ahụ mmụọ na mmadụ nke mere ndị dịbịa ji akpọ ya aga nta karịsịa n'oke ọhịa ka ọ nyere ha aka tagbuo anụ ụfọdụ a gaghị ekwe ha ogbugbu ma bụrụ anụ na-ata ihe ọ bụla ọ hụrụ arụ ma ịgba ya nkịtị. ọ bụ ihe ndị a mere ndị Igbo ji nye ya aha a. Nkịta bụkwa otu n'ime anụ e nwere n'ala Igbo n'ihi na ọbụghị ala Igbo niile na-eri ya ma ọbụ akpa ya n'ụlọ ha. Ọtụtụ ndị Igbo kwenyere na nkịta nwetara aha ya site n'ihi na ọ bụ anụmanụ na-atakarị ata. Ọ na-ata ma mmadụ ma ọkpụkpụ n'agbanyeghị etu ọkpụkpụ ahụ siri sie ike. Nkịta bụ anụ ndị Igbo hụtara dị ka anụ na ahụ mmụọ na mmadụ nke mmadụ nkịti apụghị ihụ site n'anya mmadụ. N'oge gboo, ọ bụ nkịta na-eri nsi ụmụntakiri nyụrụ. Ọ bụrụ na ụmụaka nyụchaa nsi nkịta a bịa rie nsi niile ahụ. ọzọ, nkịta na-abọ ọgwụ nke mmadụ apụghị ịbọ n'Obodo ụfọdụ. N'aka nke ọzọ, ndị Igbo kwenyere na nkịta bụ anụ adịghị anọ otu ebe ma ọ bụ anụ na-agba n'ezi n'ihi nke a, ha anaghị ekwe ka ụmụ anyị rie anụ nkịta n'ihi na ndịta ndịanyị na-eri anụ nkịta nwere ike ịgba n'ezi ma ọ bụ bụrụ ọ nọ na dị achọ dị. Ndị ọba na-asọ anụ nkịta n'ihi na ọ bụ nkịta ka arụsị Obodo ha ji atagbu onye mere ihe ọjọọ. bụ ụfọdụ n'ime ihe ndị mere na Obodo ụfọdụ anaghị eri anụ nkịta eri ruo taa ma mee ka e were ya dị ka anụ nso n'ala Igbo.

**4. Ọkụkọ:** Nke a bụ anụ na-esite n'etu o si ebe akpọ ụmụ ya oku maọbụ akpanye nri. Ọ bụ anụ na-ebe kọkọ mgbe ọ bụla. E kwuru okwu wee si na ọ bụrụ na ọkụkọ hapụ kwọm, ọ ga-eji gịnị zụọ ụmụ ya. Ọ bụ kọkọkọ a ọkụkọ na-eme mere ndị Igbo jiri nye aha ahụ bụ ọkụkọ.

**5. Enwe:** Enwe dị ka aha ya siri dị, bụ anụmanụ na-ewe ihe o nweghị, imaatụ unere ọ na-eri bụ nke mmadụ mana ọ hụ ya, ọ were ya rie. Ọzọ, aha ya na-apụta ihe site na etu o si akpa agwa. Ọ na-esite n'otu osisi mafee n'osisi ọzọ ma were ihe ọ bụghị ya debere na-ajụghị ase onye nwe ihe so n'ihe zipụtara aha ya. Enwe bụ anụ nwe ọhịa, osisi ọ bụla ọ rigoro n'elu ya, o were ya ka nke ya.

**6. Mbe:** E nwetara aha a site n'ahụ ya dị n'iberibe, e bejisiri ya ebejisi. Ọzọkwa, mbe na-ebegoro ụmụ anụmanụ ndị ọzọ n'elu ma ghọrịa ha dum ma bụrụ ahụ azụ ya kpekesịrị ekpekesị n'ibe n'ibe kpatara e ji akpọ ya mbe. N'aka nke ọzọ, ọtụtụ ndị kwenyere na mbe bụ anụ na-ezipụta akparamagwa ya site n'oke aghọghụ ọ na-aghọ.

**7. Ugo:** Ugo bụ anụ e ji igo ihu wee mara ma bụrụ eze ụmụ anụmanụ niile na mma mere e ji akpọ ya ugo. Ike anaghị agwụ ya n'ife efe, ọ bụ ihe ndị a mere Chi ya jiri tunye ya ugo. Ugo bụkwa nnunu ndị Igbo n'ala niile na-akwanyere nnukwu ugwu n'ụzọ pụrụ iche. Ọ bụ eze ụmụ nnunu ma makarịchaa ụmụ nnunu niile na mma. Ọ bụ naanị ugo bụkarị anụ ndị Igbo niile ji aba mmadụ aha nke mere ụfọdụ ji aza Ugonna, Chiugo, Ugomma, UgoChinyerem dg. ebe ndị ichie na-aza Obikwereugo, UgoChinyerendịta, Ugondịobi, dg. A naghị ahụ ugo oge niile ebe ugbene ugo bụ ihe oke ọnụ ahịa n'ala Igbo. Ndị chịrị echichi ji ya ama aka ka aka site na-itụnye ya n'okpu isi onye ahụ iji gosi oke ọnọdụ ya n'ala Igbo.

**8. Agụ:** Agụ bụ anụ ndogbu n'ihi na ọ na-eji mbọ ya dọgbue mmadụ maọbụ anụmanụ ndị ọzọ. Ọ bụ anụmanụ agụụ na-agụkarị oge ọ bụla mere e ji akpọ ya agụ n'ihi oke agụụ ọ na-egosipụta site n'akparamagwa ya. Agụ so n'anụ ọzọ siri ezigbo ike. Ọ bụ nke a kpatara o ji agụgba anụ ma mmadụ ọ bụla ọ hụrụ dowasịa ya ma rie ya.

**9. Agwọ:** Agwọ na nsirihụ ndị Igbo bụ anụ na-agwọrọkarị n'ala mgbe ọ bụla. Nke a gosiri na dị ka aha ya siri dị na anụ agwọ na-agwọkọ agwọkọ n'ala n'ebe ọ bụla ọ hụrụ onwe ya. Ọ bụ ya kpatara e ji agwọ akpọ ya agwọ. Ọzọ, agwọ bụ anụ na-akpụ akpụ ma na-agwọsara n'ala mgbe ọ bụla ọ chọrọ ịnọdụ ala. Nke a mere e ji akpọ ya agwọ ma na-asị na mmadụ na a agwọsara n'ala dị ka agwọ.
**10. Ezi:** Na nsirihụ ndị Igbo ezi bụ anụ na-ezi imi ya mgbe ọ bụla ọ na-aga ije ma burukwa anụ n'ezighị ezi n'anya Chukwu okike na mmadụ o kere. Ọzọ, a na-akpọ ya ezi n'ihi na ọ na-ezuzugharị n'ime unyi maọbụ na mmiri mgbe ọ bụla ọ nọ n'ime ya.
**11. Edi:** Edi na nsirihụ ndị Igbo, bụ anụ na-edi ihe nke ukwu na ndụ ya. Ọ dịghị emegharị ahụ ọsọọsọ ma o megharịa ọ dị egwu. Ọ bụ nke a kpatara e ji akpọ ya edi. Ọzọkwa, ụfọdụ kwenyere na ihe kpatara e ji nye aha a bụ maka oke ndine edi na-edine karị. Ebe ụfọdụ na-akpọ ya edi n'ihi na ọ dina ala ilahụ ụra n'abali, ụra ya na-emi emi nke ukwu ya mere ndị dinta na-eji egbutekarị ya ọsọọsọ.
**12. Ichoku:** Anụ a zara aha a n'ihi na ọ bụ anụ na-ekwu ' cho cho cho' mgbe ọ bụla. Ihe ọ bụla nụrụ mmadụ kwuru ọ ga-ekwu ya. Ọ na-agbatakwa asịrị dị ka aha ya siri dị. Ọzọ, ndị Igbo kwenyere na anụ a bụ ichoku bụ anụ na-achọ ka a na-akpọ ya oku oge niile n'ihi na ọ bụ onye na-ekwute okwu.
**13. Ọzọdimgba:** Nke a bụ anụ na-emeri ụmụ anụmanụ ndị ọzọ na mgba, e wee kpọọ ya ' ọzọ ndị mgba' ọzọdimgba bụ anụ na-anụkarị ọgụ site n'izọgbu anụ ndị ọzọ i ji gosipụta nkarị.
**14. Ewu:** Ewu bụ anụ na-ewu anya ọkụ ma ewuru ụmụ anụmanụ ndị ọzọ anya ụfụ, o jighị anya ahụ ndị onye ọzọ. N'aka nke ọzọ, anụ a bụ n'ihi oke iwe ọ na-ewe nyere ya aha ahụ. Mgbe ọ bụla ndịnne, ụmụnne maọbụ anụ ọzọ bịara ya nso karịsịa mgbe ọ na-eri nri, ọ na-aba mba n'iwe ma luso ha ọgụ.
**15. ụsụ:** Na mpaghara ala Igbo ụfọdụ, ha kwenyere na ụsụ bụ otu n'ime anụ nsọ e nwere n'ihi na ọ bụghị anụ elu nke o ji abụ anụ ala. ụsụ bụ anụ na-efekarị n'oge abali. Ọ bụkwa n'oge abali ka ụsụ ji aṅụ mmiri ma jirikwa oge ahụ ahụ ụzọ. Ọ bụ ezie na obodo ụfọdụ dị ka ọgbaru na Agụkwu Nri na-eri ya atụmadị ndị buru nnukwu ibu nke n'ebi oke ọhịa n'ihi na e nwere ndị na-ebi n'ụlọ mana obodo ndị ọzọ anaghị eri ya n'ihi na ihe ndị na-eri ka ndị na-asọ. N'ikpeazụ, ihe mere ọtụtụ ndị Igbo jighị eri anụ ụsụ bụ na ọ na-esi n'ọnụ agbọ ndị agbọ. Ha kwenyere na ndị bụ ihe a na-amụ amụ na ọ bụghị ihe a na-agbọ agbọ.
**16. Ewi:** Ewi bụ otu n'ime anụ e nwere n'ala Igbo. Ọ bụ otu n'ime anụmanụ nwere ọnọdụ pụrụ iche n'ihi na ndị Igbo kwenyere na ọ bụ anụ ya na mmadụ na mmụọgbara agbataobi. Ewi na-atụ oke ọnụ atụmadị mgbe ụfọdụ, ọ bụrụ erichaa mmadụ, ewi na-atụgịde ọnụ baa n'ime ala gaa rie anụ onye ahụ nwụrụ anwụ. Ọ bụkwa anụ anaghị ahụ ụzọ n'oge abali nke mere na ọ naghị apụta n'oge ehihie. Ewi na-eri ihe ụfọdụ mmadụ na-eri dị ka ji, akwụ, ata ede dg. ma na-erikwa ihe ụfọdụ mmadụ anaghị eri dị ka nsi, ozu mmadụ, ihe ụfọdụ nwụrụ anwụ dg.

Ka o sila dị, mpụtara aha anụ ndị di nnukwu mkpa na ndụ ndị Igbo. Ndị Igbo ejighị ya egwuriegwu. Anụ ndị a nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche. Ọ bụ eziokwu na na-ahụ ọtụtụ n'ime ha na gburugburu ebe mmadụ bi ebe ụfọdụ abụghị anụ a na-ahụkarị na gburugburu ebe mmadụ bigasị.

**Nchịkọta**

N'edemede a, ndị nchọcha gbara mbọ kọwapụta ihe bụ mpụtara na aha anụ ụfọdụ ndị ma kọwapụta ihe nsirihụ na nkwenye ha n'ụzọ dị iche iche. Nchọcha a gosipụtara na anụ ụfọdụ e nwegasịrị n'ala Igbo, ụfọdụ anụ dịgasị na gburugburu ebe anyị bi mana anyị amaghị ihe banyere ha tụmadị aha ha na-azagasi na mpụtara aha ndị ahụ pụtara. Ndị nchọcha chọpụtara na anụ ụfọdụ ndị a nwere ugwu na nsọpụrụ pụrụ iche n'ala Igbo ma nwee ihe nzuzo pụrụ iche aha ha na-egosipụta.

ọ gara n'ihu chọpụta na anụ a abụghị anụ nkiti e ji egwuriegwu n'ala Igbo, ụfọdụ n'ime ha adịghị epukarị ebe ndị mmadụ bi ebe ụfọdụ na-apụta na gburugburu ebe mmadụ bigasị mana ha amaghị na ọ bụ anụ a na-akwanyere ugwu n'ụzọ pụrụ iche.

**Mmechi**

Site n'ihe nchọcha, o doro anya na ndị nchọcha gbara mbọ mejupụta ebumnoobi ha jiri bagide nchọcha a, nke bụ ịchọpụta aha anụ nsirihụ na mpụtara aha anụ ụfọdụ e nwere n'ala Igbo. Nke a bụ iji meghee anya ime mmụọ ụmụafọ Igbo ịmata mpụtara dị n'aha anụ e nwere n'ala Igbo, ma enye aka mee ka ha chọpụta na anụ ọbụla dị na gburugburu ha nwere aha ọ na-aza na ihe ndị mmadụ amaghị maka aha ndị ahụ. Nchọcha a nyere aka gosipụta na anụ ụfọdụ e nwere n'ala Igbo dị na ụdị dị iche iche. ụfọdụ n'ime ha nwere ugwu na nsọpụrụ site akparamagwa ha, ụdịdị ha nakwa etu ha dị site n'okike ụwa ha. Ọzọ, nchọcha a nyere aka chọpụta na anụ ndị a nwere ndị dịbịa afa ji agwọ ọgwụ n'ụzọ pụrụ iche ma mee ka amata na ụmụ anụmanụ nwere nke bụ anụ nkịti ma nwee nke abụghị anụ nkịti n'ihi mkpa ọ dị n'ala Igbo.

**Aro ndị nchọcha**

Site na nsogbu ndị cheere ndị nchọcha aka mgba mgbe ọ na-eme nchọcha ya, ọ na-atọ aro ndị a: na mbụ, nkụzi ihe gbasara ụmụ anụmanụ ụfọdụ na nsirihụ aha dị iche iche ha na-azagazị kpọmkwem kwesiri ka e tinye ya n'ihe ọmụmụ ụmụntakiri malite n'ụlọakwụkwọ ọtaakara ruo na mahadum. Ọzọ, uru na mkpa anụmanụ di n'ala Igbo bụ ihe ndịta ọbụla kwesiri ịmata n'oge. Ndị nchọcha na-atụkwa aro ka goomentị obodo ọbụla wube ụlọ nchọcha ebe a ga-aga na akụzi ihe banyere ụmụ anụmanụ n'ebe ọ dara oke ụda ma mee ka amata na e nwere anụmanụ n'ụdị dị iche iche dị ka anụ nkịtị na anụ abụghị anụ nkịti n'ala Igbo.

**Edensibịa**

Agyekum (2006). "Anthropological and Philosophical notions of Akan. Personal names". E wetara na University of Ghana http://ugspace;ug.edu.gh31 language/linguistics On 25 July, 2016.

Amamgbo, O. C. (2011). *Ogechukwu ka mma*. Onicha: Ben-Cons Publishers.

Ekwealọ, C. C. (1996). *Omenala na ewumewu ndị Igbo*. Ọnịcha: Africana First.

Frege, G. (1952). *"On sense and reference: Translations from philosophical writings of Gofflob Frege"* Oụford: Blackwell.

Geertz, P. (2006). *Person, time and conduct in Bali. An essay in cultural analysis. Program cultural report series.* Yale: South East Asian Studies.

Ilogu, E. (1974). *Christianity and Igbo Culture*. Ọnịcha: University Publishing Company.

Mbiti, J. S. (1977). *African religion and philosophy*. London: Edinal.

McGraw, H. (1993). *The school dictionary 3.* New York: Macmillan.

Nwigwe, B. (2001). "Naming and being Philosophical Investigation on Names and Objects with special Reference to Igbo anthroponyms" Retrievedfromwww.naming.1phil212…//antro.com on 26 July,

2016.
Obaji, C. N. (1982). *Language: Philosophical magazine.* Ikot Ekpene: Bigard. Memory Seminary Press.
Okodo, A. I. (1988). "Title names of traditional rulers in Anambra State: *A sociolinguistic analysis"*. Unpublished B. A. Project, UNN.
Onumajuru, V. C. (2007). " A semantic and ptagmatic analysis of Igbo names". Retrievedfrom www.Afrejo.net/journals/.../roll0no2art.cm On 26th July,2016.
Simon, S. (1975). *Webster's new encyclopedia dictionary:* London: Sacramento.
Sutherland, E. T. (1991). *Marriage of Anansewa*. England: Longman.
Ubahakwe, E. (1981). *Igbo names: Their structure and their meanings.* Ibadan: Daystar Press.
William, B. (2005). *The New Encyclopedia Britannica,* Vol. 24 Marcropedia. U.S.A. Encyclopedia Britannica Inc.

**Ụfọdụ ndị ndịnchọcha gbara ajụjụ ọnụ**

| | |
|---|---|
| Aha: | Odoh Ezea |
| Akaorụ: | Farming |
| Afọ: | 120 years |
| Ogbe: | Obimo Centre |
| Obodo: | Nsukka |
| Steeti: | Enugu State |

| | |
|---|---|
| Aha: | Epunam Nwosu |
| Akaorụ: | Onye ọrụugbo |
| Afọ: | 91 years |
| Ogbe: | Umuatuegwu |
| Obodo: | Okija |
| Steeti: | Anambra State |
| Aha: | Olebunne Jude |
| Akaorụ: | Medicine man |
| Afọ: | 88 years |
| Ogbe: | Umuduru Isu |
| Obodo: | Njaba |
| Steeti: | Imo State |

# NWAANYỊ ỊZỤLITE NWA NAANỊ YA: NZIPỤTA YA N'AGỤMAGỤ IGBO A HỌỌRỌ

**CHISOM NNEAMAKA OKAFOR**

**Chukwuemeka Odumegwu Ojukwu University,**

**Igbariam Campus,**

**Anambra State**

**&**

**NKECHINYERE ANTHONIA NWOKOYE**

**Nnamdi Azikiwe University, Awka**

## Ụmịedemede

Ịzụlite ụmụaka bụ otu n'ime ọrụ pụrụ iche dịịrị nne na nna. Na nwa dị njọ maọbụ na ọ dị mma, na-esite n'ụzọ nne na nna ya si zụlite ya. Ọ bụ eziokwu na ọrụ a dịịrị nne na nna mana ọ bụ nne ka ọ metụtakarịrị. Mgbe nna pụrụ ịchọ ihe ezinaụlọ ya ga-eri, ọ bụ nne ka ilekọta ụmụ ha dịịrị. ụfọdụ mmadụ kwenyere na ụmụ nwaanyị riri mperi n'ịzụ nwa nke mere na nwa ha zụrụ naanị ha anaghị aba uru ebe ụfọdụ kwenyesiri ike na nwa nwaanyị zụrụ naanị ya anaghị ala n'iyi. N'ihi nke a ka e ji họrọ isi okwu a, 'Nwaanyị Ịzụ Nwa naanị Ya: Nzipụta Ya n'Agụmagụ Igbo a Họọrọ'. A gbasoro usoro nkọwa wee mee nchọcha iji nyochaa ma chọpụta nkwenye nke dabara adaba. Agụmagụ ndị e ji mee nchọcha a bụ *Onye kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Adaeze*. Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ Modarizim. E bu n'obi izipụta na ụmụaka nwaanyị zụrụ na-aba uru, ihe ndị na-ebutere nwaanyị ịzụ nwa naanị ya na ụzọ a ga-esi belata ọnọdụ a. Nchọcha a ga-enyere ọhanaeze, ndị nkuzi na ụmụ akwụkwọ aka ịchọpụta na e nwere ike ibelata arụ ụmụ ntorobịa na-eme n'obodo n'oge ugbua ma ọ bụrụ na e nye ụmụ nwaanyị ezigbo nkwado na enyemaka pụrụ iche ka ha wee nwee ike zụpụta ọtụtụ ụmụaka ga-eso dozie obodo. A chọpụtara na ọ bụrụ na gọọmentị mebe iwu ga-enye ụmụaka ụmụ nwaanyị na-azụ naanị ha ohere ịgụ akwụkwọ n'efu, ọ ga-eme ka ụmụaka a hụ obodo ha n'anya ma tụnye ụtụ nke ha ga-eme ka obodo ha na-aga n'ihu. Nke a ga-emekwa ka ọtụtụ nsogbu ndị ntorobịa na-eme n'obodo belata.

## Mmalite

Ọtụtụ nsogbu na agwa ọjọọ ndị ntorobịa na-akpa n'oge ugbua hiwere isi na ntọala na ọzụzụ e nyere ha n'ezinaụlọ ha. Baịbụlụ Goodnews, Ilu 22:6 sị, kuziere ụmụaka otu ha ga-esi bie ndụ, ha ga-echeta ya ụbọchị niile nke ndụ ha. Onye ka ọrụ ikuziri nwata ụzọ obibi ndụ dịịrị

n'ezinaụlọ? Akwụkwọ Nsọ ekwughi ma ọ bụ nne ka ọ dịịrị ka ọ bụ nna ka ọ dịịrị kama di na nwunye nọ n'ezinaụlọ amarala na mgbe nna pụọrọ ịga chụta nri, ọ bụ nne na nwa ga-anọ ruo mgbe ọ lọtara. Nke a mere na ọ bụ nne na-anọkarị nwa nso n'ezinaụlọ. Nke a mere na nchọcha a ga-eleba anya n'otu ụmụ nwaanyị si azụ nwa.

Na nchọha a, e lebara anya n'otu ndị odee agụmagụ Igbo si ezipụta ọnọdụ nwaanyị ịzụ nwa naanị ya n'agụmagụ ha. Iji mee nke a, e lebara anya n'agụmagụ ndị a họọrọ. Ha bụ *Onye kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Adaeze* ndị I. U. Nwadike dere. E ji agụmagụ ndị a zipụta ọnọdụ ụmụ nwaanyị ịzụ nwa naanị ha. E zipụtakwa ụzọ e nwere ike iji belata ahụhụ ụmụ nwaanyị nọ n'ọnọdụ a na-ata n'ịzụ nwa ha. Nke a ga-enyekwa aka ime ka ha zụpụta ọtụtụ ụmụaka ga-eso dozie obodo ma belatakwa arụ ụmụ ntorobịa na-akpa n'obodo. E bu n'obi na edemede a ga-enye aka gosi ma karụọ nkwenye na nwa nwaanyị zụrụ anaghị aba uru. E bukwa n'obi izipụta na ọ bụrụ na e nye ụmụ nwaanyị ohere na ezi nkwado, ha ga-emekarị otu a tụrụ anya. Nchọcha a lebara anya n'etu ndị odee si ezipụta ọnọdụ nwaanyị ịzụ nwa naanị ya n'agụmagụ Igbo. N'ihi ya, a ga-akọwa ihe bụ agụmagụ ka o wee doo anya ma dị mfe ịghọta. Nchọcha a zipụtakwara ka ndị odee si eji agụmagụ gbaa ụdị agwa dị iche iche n'anwụ, ma nke ọma ma nke ọjọọ.

Na mbụ, agụmagụ bụ ihe ọbụla e dere ede nke mmadụ nwere ike ịgụ ma ghọta. E mechaa, ndị ọkachamara kpebie na agụmagụ ga-abụ echiche mmadụ chemiri echemi wee gụpụta maọbụ dee ka o wee tọọ ụtọ na ntị, kpalie mmụọ ma kuzie amamihe. N'ihi nke a, nchọcha a ga-ahụta agụmagụ dị ka ihe mmadụ chepụtara dee maọbụ gụọ iji kpaa obi aṅụrị, kpalie mmụọ ọgụụ maọbụ ogee ma kuzie ezi agwa. Chinweizu (1980:50) gbatịrị echiche a wee sị na agụmagụ bụ ngalaba ihe niile e dere maka ọhaneze. N'agbanyeghị na iduuazị, ejije na abụ bụ agụmagụ, a ga-akpọ edemede edendụ na ekwurunọnụ ngalaba agụmagụ dị nnukwu mkpa. N'uche Chinweizu, agụmagụ bụ enyo e ji ahụta ndụ obodo na ihe ọbụla ha na-eme. Nke a pụtara na site n'otu ha si eji ejiji ruo na nri ha na-eri bụ agụmagụ n'ihi na ọ bụ ihe ndị a ka ndị odee na-ewebata n'agụmagụ ha na-ede. Nke a kwadoro nkwenye Egudu (1979:89) na agụmagụ bụ ụzọ e si eme nkọwa. Ndị odee na-eji agụmagụ akọwa nkwenye ha na nkwenye obodo ha maọbụ obodo ọzọ. Ha na-eji ya ebupụta onwe ha maọbụ obodo ha ka ndị ọzọ wee hụ ha. Ọ bụ ụzọ dị mkpa e si aghọta ma kọwaa mmadụ na akụnaụba. Caudwell (1977:93) kọwara na ọrụ agụmagụ bụ ichekwaba mkpokọta echiche obodo n'ụdị na ndị obodo ahụ ga-enwe ike were ya rụọ ọrụ n'ọdịnihu. Nke a pụtara na agụmagụ, ọ kachasị agụmagụ ọnụ, na-enye aka ime ka ụmụaka ọgbaraọhụụ mụta ihe n'aka ndị okenye. Dị ka akụkọ ifo , ọ bụ n'ọnụ ka a na-agụ ya. Oge ụfọdụ, okwu ụfọdụ na-adapụ mgbe a na-akọ akụkọ ifo. Nke a nwere ike ịbụ n'ihi na onye a kọọrọ echetaghị ihe a kọọrọ ya maọbụ na onye kọrọ echetaghị ihe a kọọrọ ya onwe ya. N' ọnọdụ dị otu a, onye ahụ ga-ewere echiche maọbụ okwu ọzọ, nke yitere okwu maọbụ echiche ahụ o chetaghị dochie okwu nke o chetaghị. A ga-agba mbọ hụ na echiche maọbụ okwu ọhụụ e ji dochie ebe ahụ agbanweghị nghọta maọbụ amamihe akụkọ ifo ahụ na-akuzi. N'oge ugbua, ndị odee na-edetuzi akụkọ ifo edetu ka ụmụaka oge ugbua wee rite uru na ya. Nke a bụ ụzọ pụrụ iche e si echekwaba echiche obodo. ọ dị mkpa ịmata na o nweghị onye nwe akụkọ ifo ndị Igbo kama ọ bụ akụkọ obodo jikọrọ aka nwere. ọ bụ ọnọdụ a ka Caudwell kọwara dị ka ichekwaba mkpokọta echiche obodo.

Ifeka (2009:35) kwadoro na agụmagụ bụ edemede maọbụ akọmakọ nke na-enye obi aṅụrị, amamihe na mkpalite uche. ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụ edemede na-eme ka ọgụụ soro odee hụta ụwa otu ya onwe ya si hụta ya. ọ bụ nke a kpatara agụmagụ ji bụrụ enyo e ji ahụta ndụ odee. Nke a pụtara na odee agụmagụ ọbụla nwere aka nka e ji mara ya. Iji maa atụ, odee ọbụla nke na-ahụta ụmụ nwaanyị dị ka ndị ume ngwụ na ndị dị aghụghọ ga na-ezipụtakarị echiche a n'agụmagụ ọ na-ede. Otu a ka ọ dịkwa ebe odee ụmụ nwaanyị, ndị na-ahụta ụmụ nwoke ka ndị obi jọrọ njọ, nọ. Ha ga na-ezipụta ya n'agụmagụ ha. Mberede (2020:26-29) hụtakwara agụmagụ dị ka ihe e ji akpọlite mmụọ ndị Afrịka. ọ sị;

E ji agụmagụ gbasaa ozi nnwere onwe nye ndị Afrịka ma kụnye mkpụrụ ịkwanyere na ịsọpụrụ omenala na nkwenye ha ugwu n'ime ha... e jikwa ya nweta ezi mgbanwe na ndụ ndị Afrịka site n'ejije na agụmagụ ndị ọzọ. Echiche ya a kwadoro agụmagụ dịka enyo e ji ahụta ndụ ndị n'ihi na ọ bụ nkwenye na omenala ndị ka ndị odee na-edepụta n'agụmagụ ka ọ ga-abụ mmadụ gụọ ya, ọ hụta ndị ọ na-akọ maọbụ ndị a na-ede maka ha n'agụmagụ ahụ. Mberede gara n'ihu sị; Agụmagụ na-eweta nnwere onwe ma bụrụkwa ụzọ obodo si agbasa ozi ma gwa mba ụwa ndị ọzọ ka ha si eme ndọrọndọrọ ọchịchị, ekpemekpe ha, ọnọdụ akụnaụba ha na ihe ndị ọzọ. E mere nke a site n'idepụta ha n'ejije, iduuazị, abụ na edemede ndị ọzọ. ọ bụkwa ụzọ ha si ekwupụta obi ha. Mberede hụtara agụmagụ dị ka ngwa ọrụ na-enyere obodo aka ịnapụta onwe ha n'ebe a na-akpagbu ha. Nkọwa ya ndị a gosiri na ọ hụtara ya dị ka ụzọ mmadụ nwere ike isi kwupụta ihe dị ya n'obi dị ka obi ịdị mma na obi ịdị njọ.

Nsolibe (2011:20) kọwara na agụmagụ malitere mgbe ndụ malitere. O kwuru na ọ bụ usoro dị iche iche obodo si egosi obibi ndụ na nhụrụụwa ha. Usoro ndị a na-adị n'ụdị akụkọ, ejije na abụ. O kwuru na agụmagụ, ọ kachasị nke a na-agụ n'ọnụ, na-esi n'aka fere aka, sitekwa n'ọgbọ fere ọgbọ n'ihi na e deghị ya ede oge gboo. Nke a kpatara na a na-enwe mgbanwe n'ụdị ntinye maọbụ mwepụ n'ihe a na-agụ. ọ kachasị n'akụkọ ifo.

Nkọwa ndị a niile rụtụrụ aka n'ụzọ agụmagụ si agba nkwenye, omenala na obibi ndụ ndị n'anwụ. Agụmagụ obodo bụ obibi ndụ obodo ahụ. N'ala Naịjịrịa, nke ndị Igbo so biri n'ime ya, agụmagụ ha bụ ka ha si ebi ndụ ha na ihe niile ha kwenyere na ya. Ndị odee agụmagụ Yoruba na Awụsa na-ede maka ihe na-eme na be ha na ụzọ ha si ebi ndụ ha ebe ndị odee ndị Igbo na-ede maka ụzọ ha si ebi ndụ nke ha. Ndị odee ndị a niile nwekwara ike dee maka ihe na-eme n'ala Naịjịrịa n'ihi na ha so biri n'ime ya. Otu onye ịzụ nwa bụ ihe a na-ahụ n'obodo ọbụla dị n'ime Naịjịrịa, bụrụkwa ihe a maara na ọ bụrụla usoro obibi ndụ na Naịjịrịa, n'ihi nke a, odee ọbụla nwere ike ide maka ya n'ihi na ọ bụ ihe metụtara ndị Naịjịrịa. Nke a mere ka agụmagụ bụrụ ihe mmadụ chepụtara wee were asụsụ nka detuo maọbụ gụọ ya ka o wee nye obi aṅụrị, kpalie mmụọ ma kuzie ihe. Ihe mmadụ nwere ike ide maka ya nwere ike bụrụ ihe mere eme maọbụ nke emeghị eme. Ọ bụkwa n'ụzọ dị otu a ka ndị odee si eji agụmagụ gbaa agwa n'anwụ, ma agwa ọjọọ ma nke ọma site n'idepụta ụzọ obibi ndụ obodo ha na-ede maka ya. Ezikeojiaku, n'ime Emenanjo (onye nhazi) (2001:48) chịkọtara agụmagụ wee sị na agụmagụ anaghị adị na nkịtị. Ọ sị na ọ bụ ihe e chemiiri uche ime dee maọbụ gụọ nke nwere echiche gbasara omenala ọ na-ekwu maka ya. Nke a bụ iji gosi na agụmagụ bụ ihe na-eme na ndụ. N'Uche Dobie (2012:40), agụmagụ bụ ọrụ nka nke sitere n'echiche na ekereuche mmadụ pụta ma bụrụkwa

nke e ji ezipụta ndụ. Nke a kpokọtara nkọwa agụmagụ niile n'ihi na ebumnobi agụmagụ ọnụ na agụmagụ ederede bụ izipụta ihe na-eme na ndụ.

**Ntụleghari agụmagụ**

N'ebe a tụleghariri edemede ndị odee dị iche iche derela n'isiokwu a iji chọpụta ụzọ nchọcha a ga-esi tụkwasị amamihe ọhụụ n'elu ihe nke ha chọpụtabugoro. Ntụlegharị a ga-emekwa ka ọrụ nwa nchọcha doo ọgụụ anya. Na mbụ, ọtụtụ ndị odee emeela nchọcha n'agụmagụ ndị e ji mee nchọcha a. E lebara ọrụ ndị a anya iji wee nyere nwa nchọcha aka idepụta ihe a chọpụtara. E lebara anya n'ihe odee ndị ọzọ kwuorola n'isiokwu a. A ga-achọpụta ebe ihe ha dere si dị iche na nchọcha a.

Akaeze, Aboh, Eze, na Barnabas (2020:9) mere nchọcha n'ọkpụkpụ agwa dị n'ejije *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ.* Ha nyochara otu odee si zipụta agwa ndị o tinyere n'agụmagụ ya. Ha kọwara agwa dịka ndị maọbụ onye nwere ọgụgụ isi mmadụ ma na-emenwu ihe mmadụ dị ndụ ga-emenwu. Ha gara n'ihu kewaa agwa ndị ahụ ụzọ abụọ, agwa ukwu na agwa nta. Agwa ukwu bụ ndị emereeme dị n'ejije ahụ metụtakarịchara ebe agwa nta bụ agwa enweghị ọtụtụ ebe ọ pụtara n'ejije nke bụ na e wepụgodi ha, ejije ka ga na-aga n'ihu. Ọ bụ agwa ka ndị odee ji agba isokwu ha na-ede maka ya n'anwụ. Ọ bụkwa ya ka ha ji ezipụta ebumnobi ha kpọmkwem. Nke a pụtara na agwa so n'otu ihe na-enye aka ime ka edemede zuo oke. Nke a pụtakwara na isiokwu ọbụla a na-ekwu maka ya n'agụmụgụ agaghị enwe isi ma ọ bụrụ na agwa ezipụtaghị ya nke ọma. Ha gara n'ihu kọwaa agụmagụ dịka echiche miri emi nke mmadụ chere gbasara isiokwu ọbụla nke e jiri asụsụ nka kọwapụta. Nnabuike (2012:30) nyochakwara ejije ederede site n'oge gboo ruo n'oge ugbua. Iji mee nke a, o lebara anya n'ejije *ọkụ Ghara Ite* na akwụkwọ ejije anọ ndị ọzọ. Ọ gbalịrị nyochaa ka ejije ederede si malite ma mụsakwaa. Ossai (2009:21) nyochara akanka na akparamaagwa Nwadike. O ji akwụkwọ agụmagụ *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Nwata bulie Nna ya elu* wee mee nke a. O nyochakwara ụdị asụsụ Nwadike ji dee agụmagụ ndị ahụ. *Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* bụ agụmagụ gbasara ndụ na mahadum n'ihi nke a Nwadike ji asụsụ Igbo a gwakọrọ Bekee wee dee agụmagụ ahụ. ọtụtụ ndị ọkachamara n'agụmagụ Igbo na-atụle ma a ga-akpọ agụmagụ ahụ agụmagụ Igbo kpọmkwem. Nchọcha Ossai gbara n'anwụ na ụdị asụsụ Igbo odee ji dee ihe bụ akanka ya. Idoko (2013:24- 132) tụgharịrị *Adaeze* n'asụsụ Bekee. O mere nke a iji mee ka agụmụgụ ahụ gbasaa mba ụwa ma mekwaa ka onye abụghị onye Igbo guọ ma ghọta ihe agụmgụ ahụ na-ekwu maka ya. Na aka nke ọzọ, Okeke ( 2018: 45) n'ọrụ ya, zipụtara ka ndị odee ụfọdụ si ezipụtakarị ụmụ nwaanyị dịka ndị a na-emegbukarị emegbu.

N'ịga n'ihu, na nchọcha ndị a niile e mere, ndị odee ndị a ahụtaghị agụmagụ ndị a dịka agụmagụ e zipụtara ọnọdụ naanị nwaanyị na-azụ nwa n'ime ha. ọ bụ n'ihi nke a ka nchọcha a ji lebaa anya n'otu ndị odee si ezipụta nwaanyị ịzụ nwa naanị ya n'ime agụmagụ ndị a.

**Atụtụ nchọcha**

Atụtụ e ji mee nchọcha a bụ atụtụ mọdarizim. Atụtụ a dabara n'emem nchọcha a n'ihi na o zipụtara ụdị obi ụmụ nwaanyị nwere n'ebe ihe gbasatara ọzụzụ nwa ha dị. N'ebe a, e ji atụtụ a wee tụchaa nchọcha a, tulee ma wepụta ka o si daba na nchọcha a. Atụtụ mọdarizim bụ atụtụ Catherine Acholonu wepụtara iji nọchi anya atụtụ Feminizim na mba Afrịka. Ọ tụpụtara ya

n'afọ 1995. ọ kọwara na atụtụ Feminizim, nke Alice Walker tụpụtara, abụghị maka ndị mba Afrịka. Nke a bụ n'ihi na ọ kọwara na ụmụ nwaanyị mba Afrịka anaghị ama ụmụ nwoke aka n'ihu ịzụsa ha na ha ga-emenwu ihe ụmụ nwoke na-eme kama ha na-agbasi mbọ ike ime ihe ndị ahụ ha kwesịrị ime iji nyere ezinaụlọ ha aka n'agbanyeghị ma ha enwetara enyemaka maọbụ na ha enwetaghị. Ihe dị ha mkpa bụ ịhụ na ezinaụlọ ha nọ n'udo ọ kachasị n'ebe ụmụaka ha mụtara nọ. Ọ gara n'ihu kọwaa na o nwere ihe anọ atụtụ a nwere nke atụtụ Feminizim enweghị. Ha bụ ịhụnanya, ọrụ, nnagide na nghọta n'etiti mmadụ na ibe ya. Atụtụ a gbanyere mkpọrọgwụ n'ọnọdụ ịbụ nne nke bụ otu n'ime ihe dị ọkpụrụkpụ e ji mara mba Afrịka. Otiono (2014:70) kọwara na atụtụ Mọdarizim si na nghọta mmadụ gbasara Feminizim. Ọ bụ nchawapụ na mmụpụta ihe mebere nwaanyị. Atụtụ a na-edebe ịhụnanya n'etiti ihe niile. Ọ nabataghị okwu ọjọọ n'ụdị ọbụla dịka ịsị na ụmụ nwoke dị njọ. Ọ gbanyere mkpọrọgwụ na nkwenye na ịkpọ asị so n'otu ihe na-eme ka e merie mmadụ mana ịhụnanya bụ nke na-enye mmadụ mmeri. Otiono gakwara n'ihu kọwaa na atụtụ Modarizim kwenyere na ịhụnanya juputara n'ụwa n'agbanyeghị na akpọmasị dị n'ụwa, ịhụnanya ga-emeri akpọmasị. Ihe dị ọkpụrụkpụ n'atụtụ a bụ na ihe ndị o ji arụ ọrụ bụ ịhụnanya, ọrụ, nnagide na ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya. Achọlọnụ na nkọwa ya, kwenyere na onye ọbụla, ma nwoke ma nwaanyị, nke leghaara mkpa onwe ya anya ma gbaa mbọ igbo mkpa nke ezinaụlọ ya, bụ ezigbo onye mgbaso atụtụ a. Mperi atụtụ a riri bụ na ọ kwadoro nwaanyị ịnọ ebe a na-emekpa ya ahụ, dịka nwaanyị di ya na-emegbu emegbu. Oge ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-eji maka ụmụ ha mụtara be di ha nọrọ na be di ha ebe o doro ha anya na ọnọdụ ha adịghị mma. Ọ bụ ịhụnanya, ọrụ, nnagide na ezi mmekọrịta n'etiti mmadụ na ibe ya ndị bụ ngwa ọrụ mọdarizim na-eme na ụmụ nwaanyị na-anọ, a na-emegide ha, ha anọrọkwa ebe ahụ. Ọtụtụ ụmụ nwaanyị lụrụ di ndị anaghị enyere ha aka n'ụdị ọbụla ma n'ije ozi ụlọ ma na ịzụlite ụmụaka. Ode (2011:83) depụtara ọnọdụ a otu a;

> Ọtụtụ ndị Afrịka na-ahụta ịzụlite nwata dịka ọrụ dịịrị naanị nwaanyị n'agbanyenghị ma nwaanyị ahụ ọ ga-emenwu ya ma ọ gaghị emenwu ya. Ọ dị njọ na nwaanyị enweghị ike ịgwa nwoke bụ di ya… ka o ledo nwa ha anya, ọ bụrụgodu obere oge, dịka nwaanyị na-arụ ọrụ ezinaụlọ.

Nke a gosiri na nwaanyị nọ n'ụdị ọnọdụ a maọbụ lụtara ụdị nwoke a ga na-atagbu onwe ya n'ahụhụ. Ọ rụọ ọrụ ezinaụlọ, ọ zụọ nwa ya mana ọ lụrụ di, onye ọ tụrụ anya na ha abụọ kwesịrị ịgbakọ aka ọnụ wulite ezinaụlọ ha. Ode gara n'ihu kọwaa na e nwere ndị kwe na ndị ekweghị na nkwenye a. Ọ sị;

E nwere ụdị otu abụọ ndị nwere nkwenye dị iche iche gbasara di na nwunye. Otu nke mbụ kwenyere na ọrụ ịzụlite nwata ekwesịghị ịdịrị naanị nwaanyị kama ọ bụ ọrụ dịịrị nwoke na nwaanyị ebe ọ bụ na ha abụọ bụ nne na nna nwa a na-ekwu okwu ya  Otu nke abụọ hụtara ya n'ụdị na o nweghị ọrụ nwoke ga-arụnwu n'ịzụ nwa ebe ọ bụ na ụmụ nwaanyị nwere ọnatarachi pụrụ iche dịka mmiri ara Chukwu nyere ha. Ha na-ahụta ya na ụmụ nwaanyị karịrị ụmụ nwoke na nke a n'ihi na ha buru nwa n'akpa nwa ọnwa iteghete. Naanị nke a mere ka mmekọrịta n'etiti nne na nwa siwanye ike.

Nkwenye a bụ ihe na-eme na ọtụtụ ụmụ nwaanyị anaghị achọ enyemaka mgbe a na-emekpa ha ahụ n'ezinaụlọ ha dị iche iche, n'ihi na ha na-ahụta ya na ọ bụ ọrụ ha ịzụ nwa ha n'ọnọdụ ọbụla. Ha kwenyekwara na ha zụchaa nwa ha ahụ, ha erie uru ya n'ọdịnihu mana mgbe ụfọdụ, ụmụ nwaanyị anaghị anọ ndụ eri uru ahụhụ ha tara n'ịzụ nwa ha. Oge ụfọdụ, ahụhụ ahụ ha tara zụọ ụmụ ha na-ebutere ha ajọ ọrịa n'ọdịnihu mgbe ha kwesịrị ịnọ riwe uru ahụhụ ha tara. Ọ bụ n'ihi ngwa ọrụ mọdarizim nke bụ, ịhụnanya, ọrụ, nnagide na ezi mmekọrịta dị n'etiti ha na ụmụ ha mere na ha ga-anọ n'ezinaụlọ a na-emekpa ha ahụ zụwa ụmụ ha. Iji gbatịkwuo nke a, Alkali, Talif, Yahya na Jan (2013: 244-245) dere na obubu ụmụ nwaanyị na-ebu ụmụ ha n'obi oge ọbụla so adọghachi ha azụ na mkpebi ọbụla ha chọrọ ime n'ụlọ ebe a na-emekpa ha ahụ. Nke a bụ ihe nwaanyị ọbụla na mba Afrịka na-ahụ. Mgbe ụfọdụ, ụmụ nwaanyị ndị na-anata mmekpa ahụ na be di ha dị iche iche nwere ike chọọ ka ha si na be di ha dị iche iche laa mana ha agaghị emenwu nke a n'ihi na ha na-eche ihe ga-eme ụmụ ha ma ha hapụ ha pụọ. Ụfọdụ oge, ụmụ nwaanyị dị otu a na-ebu ụzọ laa, e mechaa ha abịa kpọrọ ụmụ ha ma ọ bụrụ na di ha ga-ekwe ka ha kpọrọ ụmụ ha laa.

**Nwaanyị ịzụ nwa naanị ya**

Nke a bụ mgbe nwaanyị bidoro zụwa nwa ọ mụtara n'enwetaghị enyemaka ọbụla n'aka di maọbụ nwoke ya na ya mụrụ nwa ahụ. Ụfọdụ n'ime ụmụ nwaanyị dị otu a bụ ndị nwoke tụwara ime wee gọnahị ha maọbụ ụmụ nwaanyị a dakporo adakpo ebe ụfọdụ n'ime ha bụ ndị nwoke chọrọ ịlụ ha gharịpụrụ. Ụmụ nwaanyị dị otu a na-agba mbọ zụọ ụmụ ha naanị ha. E nwekwara ike ịhụ ọnọdụ nwaanyị ịzụ nwa naanị ya n'ezinaụlọ nne na nna nọ na ya ma ọ bụrụ na nna anaghị arụ ọrụ ya dị ka nna. Ọzọ, a ga-ahụ ọnọdụ a n'ezinaụlọ nna nọ na ya nwụrụ anwụ.

**Ihe na-eweta nwaanyị ịzụ nwa nnanị ya**

Nwaanyị anaghị anọkata mụta nwa sị ka ya zụwa ma ọ bụrụ na o nweghị nsogbu ọbụla o nwere. O nwere ihe ndị na-ebute ọnọdụ dị otu a. Ha bụ:

**Ịgba alụkwaghịm**

Nke a bụ mgbe di na nwunye enweghịzị mmasị ịbụ di na nwunye. N'ihi nke a, ha achọghịzị ka ha abụọ biri n'otu ụlọ. Nwachukwu (2006:54) sị na ịgba alụkwaghịm na-eme ka di na nwunye malite ịhụta alụmdi na nwunye dịka ihe dị njọ. Nke a ga-abụ ntọala a ga-eji nwe ezinaụlọ otu onye na-azụ nwa. Ihe na-ebutekarị nke a bụ di ịgba n'ezi, di iti nwunye ya ihe na di ileghara nwunye ya anya. Ihe ndị ọzọ nwere ike ibutekwa nke a bụ di ịbụ onye aṅụrụma maọbụ di ịṅụ ọgwụ ike na di ịga maọbụ ịnọ na nga. N'aka nke ọzọ, Furstenberg (2004:104) kwenyere na ịgba alụkwaghịm so eme ka ezinaụlọ otu onye na-azụ nwa na-abawanye ụba. Ọ gara n'ihu kwuo na ọkara ọnụ ọgụ alụm di na nwunye a na-eme n'afọ ga-agba alụkwaghịm. E lee anya n'okwu a, a hụ na o ji ngwaa ọdịniihu wee kwuo ya. Nke a gosiri na a tụrụ anya na ọ bụ ihe ga-eme eme. Ọ kwadoro nkwenye a wee sị na ọ bụ n'ihi na afọ anaghị eju mmadụ oge ọbụla. Ụfọdụ ụmụ nwaanyị na-alụ di n'ihi na ndị ọgbọ ya alụchaala di. Ụfọdụ lụọ n'ihi na nne na nna ha na-enye ha nsogbu ịlụ di, ebe ụfọdụ lụrụ di n'ihi na ha chọrọ ịmụta nwa nke ha. Oge ụfọdụ, nwaanyị nwekwara ike lụọ di n'ihi na o chere n'obi ya na oge adịghịzịrị ya, mma ọ mara na-ala ya n'iyi, n'ihi nke a, ọ gbaso nwoke ebe ụfọdụ lụrụ di n'ihi na nwoke bịara ịlụ ha ji ego. Otu a ka ọ dị n'ebe nwoke nọ. Ụfọdụ n'ime ha lụrụ nwunye ha n'ihi na nne na nna ha gwara ha na ọ

bụrụ na ha alụghị nwunye na ha agaghị eketa oke n'akụaụba ezinaụlọ ha. Nke a ga-eme ka nwoke lụọ nwaanyị ọbụla ọ hụrụ. Ụmụ nwoke ụfọdụ lụrụ nwunye ha n'ihi na nne na nna nwunye ha bụ ọgaranya. N'uche ha, ịlụ nwaanyị dị otu a ga-eme ka ha soro keta oke n'akụnaụba ezinaụlọ nwaanyị ahụ, ebe ụfọdụ lụrụ nwunye ha n'ihi na ha mara mma maọbụ na nwunye ha bụ ọgaranya. O nwere ọtụtụ ihe nwere ike ime ka nwoke lụọ nwaanyị abụghị obi ya, maọbụ nwaanyị lụọ nwoke abụghị obi ya. Ihe ndị a kpatara na, mgbe nwoke maọbụ nwaanyị ahụghịzị ihe ndị ahụ ọ tụrụ anya na ọ ga-ahụ maọbụ ịhụ n'ezinaụlọ ya, ahụ agbakasịwa ya. Obere oge, uche ya apụọ n'ebe di maọbụ nwunye ya nọ. Nke a ga-ebute ịgba alụkwaghịm n'ihi na e nweghịzị onye n'ime ha alụm di na nwunye ahụ na-amasị.

**Ọnwụ di**

E nwere nkwenye na alụm di na nwunye bụ ruo ma ọnwụ ekewara. Nke a mere na mgbe di nwụrụ, nwunye eweghara ọrụ ịbụrụ ụmụ ha nne na nna. Nke a pụtara ịzụ ụmụ ha naanị ya. Henslin (1995:80) kwenyere na nke a ga-eme ka e nwee ezinaụlọ nwaanyị na-azụ nwa naanị ya. Ọtụtụ oge, ọ bụ ọnọdụ a na-ebutere nwaanyị ịzụ nwa naanị ya.

**Ịtụta ime ọkwa**

Ịtụta ime ọkwa bụ mgbe nwaanyị tụụrụ ime n'alụghị di. Nke a so n'otu ihe na-ebutere nwaanyị ịzụ nwa naanị ya. Ọtụtụ oge nwoke tụwara nwaanyi ime na-ajụ nwaanyi ahụ na afọ ime. Ọtụtụ oge kwa, ọ na-abụkarị n'etiti nwoke na nwaanyị alụghị di na nwunye. Nwaanyị nwere ike buo afọ ime ahụ, mụọ ya ma zụwakwa nwa ahụ naanị ya. N'ọnọdụ dị otu a, naanị nwaanyị a bụ nne na nna nwa ahụ ọ mụrụ. Ọ bụrụ na nwaanyị elekọtanwughị nwa ahụ anya, o nwere ike si n'ụlọ gbapụ, soro ụmụaka ndị ọzọ na-akwụghარị n'ogbe gaghariwa.

Ezinaụlọ otu onye na-azụ nwa na-abụkarị nwaanyị bụ otu onye ahụ naanị ya na-azụ nwa. Amatọ (1996:56) kwadoro nke a mgbe ọ sị na ụmụ nwaanyị na-aka azụkarị nwa naanị ha n'ihi na ọ na-abụkarị ha na nwa ha na-anọ. Ọ sị na Naịjirịa na obodo ndị ọzọ na-emepe emepe, e nwere ụmụaka na-eburu ndị mmadụ ibu, bugharịa ahịa mbughari, rịọ arịrịọ na ịgbara ndị mmadụ odibo. Ọ bụkwa ha na-arụziri ndị mmadụ akpụkpụ ụkwụ ha mebiri emebi, saara ndị mmadụ ụgbọala ha ma na-esokwa ụgbọala na-ebu ndị mmadụ si n'otu ebe gaa n'ebe ndị ọzọ. Ọ bụghị na o nweghị ndị ha na nne na nna ha bi na-arụ ụdị ọrụ a, kama, imirikiti n'ime ụmụaka niile a si n'ụlọ ebe ọ bụ naanị nne ha maọbụ nna ha na-azụ ha gbafuo, na-arụ ụdị ọrụ a. Nke a abụchaghị eziokwu n'ihi na o nwere ụmụ nwaanyị naanị ha na-azụ nwa ha mana ha na-eku ụmụ ha aga ahịa ebe ha na-ere ihe ebe ụfọdụ na-edu ụmụ ha gawa ebe ha na-arụ ọrụ. Nke a bụ n'ihi na ha chọrọ ka anya ha na-eru na nwa ahụ oge ọbụla. N'ụzọ dị otu, nwaanyị ahụ ga-enwe ike ikwu ebe nwa ya nọ na ebe nwa ya anọghị oge ọbụla.

**Ajọ ọnọdụ akụnaụba**

Nke a bụ mgbe a tụrụ anya na nwoke nọ n'ezinaụlọ ga na-eweta ego e ji elekọta ezinaụlọ ya anya mana ọ naghị eweta ego n'ihi na o nweghị ego. Bodenhorn (2006:34) kwuru na ihe na-ebutekarị ọnọdụ otu onye ịzụ nwa n'ezinaụlọ bụ ajọ ọnọdụ akụnaụba nke na-eweta enweghị ọrụ na inye ụmụ nwoke si n'ezinaụlọ dara ogbenye ọrụ ma kwụọ ha ego agaghị ezuru ha ime ihe ọbụla. Nke a pụtara na ọnọdụ dị otu a ga-eme na nwoke nwere ezinaụlọ agaghị elekọtanwu ezinaụlọ ya anya. Hayneman (1976:50) mere nchọcha n'Uganda wee chọpụta na:

> Ọ bụ enyeghị ezinaụlọ ihe niile na-enyere ndụ aka n'ozuzu oke na-eme na nwoke na-agbahapụ ezinaụlọ ya ka o wee gbanarị ezinaụlọ ya ịsị ya weta ego… ụfọdụ ndị nne chọrọ ka ezinaụlọ ha bụrụ nke naanị nne na-achị iji gbanarị ibu ibu di enweghị ọrụ, maọbụ di nwere ọrụ anaghị enye ya ezigbo ego.

Nke a gosiri na akụnaụba so ejide ezinaụlọ. Onye ọbụla lụrụ nwunye, mụta ụmụ, ma na ọ ga-achọ akụnaụba ọ ga-eji lekọta ezinaụlọ ya anya. Mgbe ọbụla ọnọdụ akụnaụba obodo gbanwere, ọ na-emetụta ọtụtụ ezinaụlọ n'ihi na ọtụtụ ezinaụlọ si n'obodo enweta ego ha ji azụ ezinaụlọ ha. Nchọcha Hayneman a gosiri na nwoke na-ebu ụzọ agba ọsọ mgbe ọnọdụ akụnaụba ya dagharịrị. Nwaanyị nwere ike jiri maka ụmụ ọ mụtara nọrọ be di ya mana ụfọdụ ụmụ nwoke nwere ike hapụ ezinaụlọ ha gbaa ọsọ.

**Ntụcha nchọcha**

A ga-atụcha nchọcha a site n'ileba anya n'agụmagụ abụọ ndị a họọrọ ndị gbadoro ụkwụ na nwaanyị alụghị di ma mụọ nwa, zụọ naanị ya na nwaanyị lụrụ di, mụọ nwa ma zụọ naanị ya. Nwaanyị nwekwara ike mụọ nwa n'alụghị di nke ga-eme ka ọ zụọ nwa ahụ naanị ya. N'ebe a, e lebara anya n'agụmagụ ndị odee zipụtara ọnọdụ nwaanyị mụtara nwa mana ọ lụghị di. N'ụdị ọnọdụ a, nwaanyị dị otu a na-ebu afọ ime, mụọ nwa ma zụkwaa ya naanị ya. ọtụtụ oge, dịka e kwubuorola, nwoke tụbara nwaanyị dị otu a ime nwere ike, ọ gaghị ama na nwaanyị ahụ dị ime. Oge ụfọdụ, nwoke ga-ama na nwaanyị dị ime mana o nwere ike gọnarị ya.
N'*Onye kpaa nkụ Ahụhụ*, nke bụ ejije, odee kọrọ akụkọ gbasara Amaka na Ikechukwu. Ha abụọ bụ ụmụ akwụkwọ n'otu mahadum bụrụkwa enyi nwoke na enyi nwaanyị. Enyi ha abụọ na-aga nke ọma wee ruo oge Amaka chọpụtara na Ikechukwu atụwala ya ime. O wee gaa be ya ịkọrọ ya ihe ọ chọpụtara. Lee ka Nwadike (1989:2) si zipụta ya;

| | |
|---|---|
| Amaka: | Goolu gị agaala. Adị m ime. |
| Ikechukwu: | Ị sị ime ka ị sị gịnị? Kedụ ka o siri mee? Ya bụrụ egwu kwụsịkwa ya |
| Amaka: | Ị na-ajụ m ka o siri mee abụ m Meri nne Jizọs… |
| Ikechukwu: | Olee ihe a ga-eme ugbua … ọọ kwa ọlụlụ? |
| Amaka: | Ya nụ |
| Ikechukwu: | Nke ahụ abụghị okwu...egwu atụla gị, mesaa ahụ |
| Amaka: | Ik ka Chukwu gozie gị n'atụmatụ a<br>Ka onye ọbụla n'ime anyị ghara inwe ọbara mgbali elu…. |

Afọ ime so n'otu n'ime ihe nwoke na nwaanyị lụrụ di na nwunye na-atụ anya inweta n'aka Chukwu. Ọ bụkwa ihe a tụrụ anya ịhụ n'etiti ndị lụrụ di na nwunye n'usoro e si alụ di na nwunye. Ọ bụ nke a kpatara na mgbe nwaanyị alụghị di dị ime, ọ na-abụ ihe ihere. Obodo na-agbarụrụ ya ihu. Nne na nna nwa agbọghọ mere ihe dị otu a na-anọ na mwute. Ha na-asị na nwa ha mechuru ha ihu. O nweghị nne na nna na-ekpe ekpere ka nwa ha nwaanyị tụta ime ma ọ lụghị di. Mahadum, dịka a kọwara na mbụ bụ ebe nwata na-abata nwee ohere ime ihe sọrọ ya n'ihi na nne ya na nna ya esoghị ya nọrọ. Nwa agbọghọ ịnọ na mahadum tụrụ ime n'alụghị di bụ ihe ihere dịrị nwa agbọghọ ahụ. Ọ bụ nke a kpatara na ụsa Ikechukwu nyere Amaka nyere

ya ezigbo nkasị obi na agbamume. Ọ bụ mgbe nwaanyị alụghị di tụụrụ ime ka o ji ama ka nwoke ya na ya nọ si eme. N'ọnọdụ Amaka, ụsa Ik nyere ya wepụụrụ ya ọbara mgbali elu.

Ọ dị mkpa ịrụtụ aka ebe a na e nwere ike iwepụrụ mmadụ ọtụtụ nsogbu na-adapụtara mmadụ na ndụ ma ọ bụrụ na mmadụ tulee ihe ọbụla ọ chọrọ ime nke ọma tupu o nwee mkpebi ma kwudosie ike na mkpebi o nwere, nke a ga-eme na onye ọzọ agaghị aghọrịnwu ya ka o si na mkpebi ya dapụ. N'ọnọdụ Ik, ọ bụrụ na ọ kwụdosiri ike na mkpebi o nwere banyere Amaka, ọ gaara igbochi ọdaachi bịara ya n'ọdịnihu. A ga-asị na obi esichaghị Ik ike mgbe ọ na-agwa Amaka na ọ ga-alụ ya. O nwere ike ọ bụrụ na ọ gwara ya ihe ahụ ka obi wee ghara ịlọ ya mmiri. Nke a bụ n'ihi na oge Amaka pụrụ, ọ gbagara na nke enyi ya nwoke bụ Chijioke ịkọrọ ya ihe mere n'etiti ya na Amaka. Lee ka e si zipụta ya,

Chijioke: Nwoke m, Onye na-achụ gị? Kedụ nke Ị na-adagbugharị ka onye ọvanaịtị na-akwa aka?
Ikechukwu: Agwọ nọ n'akịrịka, enyi gị nwoke nọ na nnukwu nsogbu
Chijioke: ….Gịnị ka ị na-ekwu ihe a?
Ikechukwu: Amaka dị ime
Chijioke: Gịnị mezie? ụwa ọ gwụla? Nwaada ịtụrụ ime ọ na-atụ gị egwu? Kedụ nke gbasara gị?
Ikechukwu: Kedụ nke gbasara m? N'ụzọ dị aṅaa?
Chijioke: Kedụ ka ihe a si enye gị nsogbu n'ahụ? E leghị anya, I kwerela na aka gị dị na ya?
Ikechukwu: Ee nụ. Aga m agọ agọ?
Chijioke: Ị bụ nọọ ezigbo mugu, ya bụ na I kwerela ka anya nwaanyị legbuo anya oke dike dị ka gị? Sheem!
Ikechukwu: Gịnị ka m gaara eme n'ọnọdụ ahụ?
Chijioke: .... Nke a ọ bụ ajụjụ? Ị gaara agbọja ya…. Ị gaara etinye ọnụ n'agọ jụ, jụwaa isi. Mgbe ahụ ọ dị ya njọ, ọ gaa kpọọ polisi, chei how I wished na ọ bụ m ka ụdị ihe a danyeere Amaka gaara amata onye ya na ya na-eme.
Ikechukwu: Olee ndụmọdụ gị...?
Chijioke: ….Mgbe ọbụla ọ bịara ọzọ chụọ ya ụkwụ eru ala.
Ikechukwu: Daalụ. Ọ bụ maka ụdị ihe a ka nduru ji eso abụọ abụọ (Ihu 3-5)

Ọ bụ maka ndị enyi dịka Chijioke ka ọtụtụ ndị mmadụ ji nọrọ na nsogbu. O nwere ike, ọ bụrụ na Ikechukwu abịaghị be Chijioke, ọ gaara ịkachi obi lụọ Amaka. Ọ bụ enyi ya gbarụrụ obi ya n'ebe ọnọdụ ya na Amaka dị. Okwu Chijioke kwuru gosikwara ụdị mmadụ ya onwe ya bụ. Nke a gosiri na oge ụfọdụ ọ bụ ndị enyi na-eduhie mmadụ. ọ gara n'ihu gwa Ik na ọ gaghị agụnwu akwụkwọ gaa n'ihu ma o kwere ịnabata afọ ime Amaka. Lee nzipụta a;

Chijioke: Ka m jụgodu gị gịnị bụ uche gị banyere agụmakwụkwọ gị mgbe ị nabatara na ọ bụ gị tụwara ya ime? Ị makwa na nna gị agaghị ekwekwa ịkwụrụ gị ụgwọ akwụkwọ.…

Ikechukwu: Chiji nnaa, uche m agaghị n'ebe ahụ, ihe I kwuru bụ ọkpụrụkpụ ụka. Ihe nna m gaara eme bụ ịgwa m na ebe ịlụ nwaanyị ka m mkpa ka m hapụ agụmakwụkwọ legide alụm nwaanyị anya….

Chijioke: Obi dị m ụtọ na I werela anya okenye ji ele ihe dara mmiri were hụ egbe nkanka.

Ikechukwu: Nnaa, aga m ala ma chewezie enwe mgbe ọ ga-ama ọzọ.

Nke a bụ ebe ọzọ e gosiri na ụmụ nwoke ụfọdụ anaghị eche maka ọdịmma ụmụ nwaanyị nọ na ndụ ha tupu ha enwee mkpebi. Ụmụ nwoke dị otu a na-eche naanị maka ọdịmma nke onwe ha. Ik na-eche naanị maka agụmakwụkwọ na ọdịnihu naanị nke ya. O cheghị maka ọdịniihu Amaka wee nabata alo Chijioke tụnyeere ya. Oge Amaka bịara na be ya ọzọ, ọ gwara ya na ọ bụghị ya tụwara ya ime. Okwu a gbagwojuru Amaka anya ma ọ gbara mbọ ịma ma ọ ga-atọghatanwu obi Ikechukwu mana ọ jụrụ ajụ. Nke a mere ka Amaka bụọ ya ọnụ. Lee ka odee si depụta mkparịta ụka ha;

Amaka: Kpọm Kpọm Kpọm, Ik ọ nọkwa ya?

Ikechukwu: Yes?
Onye ka Ị chọtara? Ị bụ onye?

Amaka: Ọ wụzikwa Ik na-ajụ ihe a ka ọ bụ onye ọzọ?

Ikechukwu: Meaning?

Amaka: Nke a ọ na-eme ebe a?
Kedụzị mgbe o sewere?

Ikechukwu: Biko si ebe a pụọ tupu iwe ewe m. Biko pụwa apụwa ka m kpọchie ụzọ gaa gụọrọ onwe m akwụkwọ maka ule m nwere echi.

Amaka: Lee anya, ya bụrụ egwu kwụsịkwa ya. Amaghị m ma ị nọ na nrọ ka ọ bụ ọgwụ tụrụ gị. Tupu isi ana-emebi gị, asị m ka m bịa ka anyị kpazie mgbe Ị ga-abịa ka gị na nna m kpaa maka alụm di na nwunye anyị.

Ikechukwu: Alụm gịnị? Lugbukwaa onwe gị na di.

Amaka: …. Olee kwa nke ị na ajụ m?
Biko kene, olee ihe Ị na-ekwu maka ya? Ọ gbagwojuru m anya.
Oo kwa I kwela nkwa ịlụ m n'ihi ime m dị?

Ikechukwu: Bịa Amaka, Olee nke Ị na-ekwu ka onye a gbara ọgwụ anwụ n'isi? Ka m sịgodu gị kọngrats maka ịtụta ime. Maka na ọ dịghị ofere ma otu ihe m chọrọ ịgwa gị bụ ka I jiri nwayọọ pụọrọ m n'ụlọ. Gịnị jikọrọ mụ na gị na afọ ime? ….Biko ọ bụrụkwa gị egwu, kwụsị ya maka ….

Amaka: Ik, ọ wụzikwa gị na-ekwu ihe a? Nke a ị na-eme ọ bụ agọ ka ọ bụ amamihe?

Ikechukwu: Amaka, o zuoro gị, Ị ga-apụ kọ ọ bụ na Ị gaghị apụ?
Ma ị pụghị ugbua emerụọ m gị ahụ

Amaka: Ihe ọ sọrọ gị mewe m... Lekwa m, lekwa afọ ime gị

Ikechukwu: (O bido tiwe Amaka ihe, na-enupu ya n'ụlọ ya ma Amaka agbaa mkpọrọgwụ, jụ ịpụ)

Amaka … biko sikwa ebe a pụọ buru afọ ime gị laa. Mụọrọ ya onye tụwara gị ya, aka m adịghị na ya.

Amaka: Ikechukwu… Achọrọ m ime ka ị mata na ihe a I mere m wee na-agbakụta m azụ…. Ebe I lechara anya jụ afọ ime bụ ọrụ aka gị, mgbe na mgbe ọbụla I jiri lụọ nwaanyị, ọ gaghị atụ atụ nke o ji eku eku, ihe ọ sọrọ unu meenụ, ebe ọ sọrọ unu jeenụ… ebe I gọlahịrị m… jewe na I jesigo… Chi ọmụmụ…aghaghị ịnara gị aka nwa chie n'ala ebe I lechara m anya hapụ m ka m taa ahụhụ n'ihi ihe I metara, mgbe ahụhụ nke gị ga-abịa, ọ ga-akarị nke Job...chee aka nara ọmụma ikpe

Ikechukwu: Ya bụrụ ma gị pụọrọ m… Ị nụkwa m nụ n'ilụ nwaanyị.

Mkparitaụka a ha nwere gosiri na n'ezie Ikechukwu abụghị ezigbo mmadụ n'ihi na ọ kpara agwa ka nwoke enweghị okwu aka ya. A ga-asị na Amaka ekwesịghị ịtụrụ ime n'alụghị di. Ikechukwu ekwesịghịkwanụ ịhapụ akwụkwọ e zigara ya ka ọ gụọ tụwa nwaanyị ime, n'ihi ya ha abụọ abụghị ụmụaka a zụrụ nke ọma. Ka osila dị, ọnọdụ Amaka na Ikechukwu bụ ụdị ọnọdụ a na-ahụ oge ugbua n'etiti ndị ntorobịa. Ọ bụkwa ụdị ọnọdụ dowere ọtụtụ obodo n'ụdị nsogbu ha nọ na ya taa n'ihi na ndị ntorobịa anaghizi agbaso ezigbo nkuzi e nyere ha n'ezinaụlọ ha kama ha sowere nke ndị enyi ha na-enye ha, oge ụfọdụ ụmụaka dị otu a enweghị onye nyere ha nkuzi n'ezinaụlọ ha, n'ihi ya, ha agbasoo nke ha nwetara n'aka ndị enyi ha. Nke a gosiri na ọ dị nnukwu mkpa na nne na nna na ụmụaka ha mụtara bịkọtara ọnụ ka ha wee nweta nkuzi tọrọ atọ. Ikechukwu egosila Amaka na ihe ka ya mkpa bụ ịgụ akwụkwọ ya ka o wee nweta ezigbo ọrụ n'ọdịnihu. Amaka n'onwe ya amarala na o si be Ikechukwu pụọ, o nweghị ihe ọzọ ọ ga-erite n'aka ya. Ọ bụ ya mere o ji bụọ ya ọnụ n'ihi na ọ maara na o nweghị ụdị ọgụ ọzọ ọ ga-aluso Ik ga-eme ka o kweta lụọ ya. Amaka gwara ya na ọ lụọ nwaanyị na ọ gaghị adị ime ma ya fọdụ ịmụta nwa. Ọnọdụ a Amaka nọ na ya na-eme ka ọtụtụ ụmụaka ụmụ nwaanyị daba n'ajọ nsogbu. Ụfọdụ nwere ike nwụọ ebe ha gara ite ime ebe ụfọdụ nwere ike mụọ nwa ha, tufuo ya maọbụ ree ya eree. Ụmụaka ndị a nwere ike tolite, ghọọrọ obodo nnukwu nsogbu. N'oge a, o doola Amaka anya na ọ bụ naanị ya ga-azụ nwa ya. Ọ makwaara na ọ ga-abụrụ ya nnukwu ibu mana o wetara nnukwu enyemaka n'aka nne ya, onye gbara ya ume ma kasịe ya obi, kwekwa ya nkwa na ọ ga-ahụ na ọ taghị ahụhụ. Oge ahụ ọ dị ime, nne ya gbara mbọ hụ na o meere ya ihe ndị o kwesịrị imere ya dịka nwaanyị dị ime ka o wee mụọ nwa ya n'udo. N'ihi nke a, ọ mụrụ nwa ya, gụọ ya Chikwado ma zụwakwa ya naanị ya. Ka afọ ise gachara, Ikechukwu lụrụ nwaanyị aha ya bụ Nnenna. Ha biri afọ iri na isii ma ha amụtaghị nwa. Ha malitere gagharịwa ebe di iche iche ịchọta ka ha ga-esi mee wee mụta nwa. N'oge a ka enyi nwunye Ik gwara ya maka otu onye amụma a ma ama. Ọ bụ onye amụma ahụ buoro ha amụma na ọ bụ ọnụ Amaka bụrụ Ik ọtụtụ afọ gara aga mere na ha amụtabeghị nwa. Ọ gwakara ha na ọ bụrụ na ha agaghị rịọ ya mgbaghara na ha agaghị amụta nwa.

Ọ bụrụ na Ik na nwunye ya mụtara nwa ozugbo ha lụchara di na nwunye, ọ gaghị echeta Amaka mana n'ihi na ọ nọ n'oke mkpa ịmụta nwa, ọ bụ ya mere o ji cheta Amaka. Nke a gosikwara na mgbe ọbụla nwoke leliri ọdịmma nwaanyị nọ na ndụ ya wee cheta naanị sọ maka ọdịmma ya onwe ya, o nwere oge ọ ga-eruo, ọ bụrụ naanị nwaanyị ahụ e leriri ga-azọ ndụ

nwoke dị otu a. Amaka zụrụ nwa ọ mụọrọ Ik naanị ruo oge Ik na nwunye ya bịara rịọ ya mgbaghara niihina ya na nwunye ya amụtaghị nwa.

N'aka nke ọzọ, e lebara anya n'agụmagụ gbasara nwaanyị lụrụ di mana ọ zụrụ ụmụ ya naanị ya mana ọ lụrụdi. Ọ ga-agbagwoju anya ma a sị na nwaanyị lụrụ di, nọrọkwa na be di ya na-azụ nwa ya maọbụ ụmụ ya naanị ya n'enwetaghị enyemaka n'aka di ya. Ihe na-ebute nke a mgbe ụfọdụ bụ ọnwụ di na nwoke ileghara ụmụ ya anya. Nleghara anya a na-abụkarị ụzọ nwoke si egosi na ya achọghị iwepụta ego nke ya tinye n'ezinaụlọ ya. Ọ na-apụtakarị ihe mgbe ọ bụ naanị ụmụ nwaanyị ka ha mụtara maọbụ mgbe nwunye ha kwuru ka ha ha zụọ ụmụ ha ndị nwaanyị n'ụlọ akwụkwọ. A hụrụ ọnọdụ a nke ọma n'*Adaeze*. Agụmagụ a bụ maka di na nwunye a kpọrọ Uchechukwu na ụzụmma. Odee kọwara nwoke a bụ Uchechukwu dịka 'Kujuo na akujula dị na nsogbu ezinaụlọ ya' (ihu akwụkwọ iri abụọ na otu). Ọ gara n'ihu kọwaa ya dịka onye aṅụrụma na onye iberibe. Nke a chịkọtara agwa nwoke a dịka nwoke anaghị achọ udo. Ọ na-anata ezigbo ụgwọ ọnwa n'ọrụ Bekee ọ na-arụ ma o nweghị ego ọ na-ewebata n'ezinaụlọ ya kama ego ya niile na-ala na mmanya. Ya na nwunye ya mụtara ụmụ atọ, ụmụ nwoke abụọ na otu nwa nwaanyị. Odee kọwakwara nwunye ya dịka nwaanyị 'nwere ugwu' (ihu 21) Akparamaagwa di ya na-agbawa ya obi. Ọ na-adụkwa ya ọdụ ka o chegharịa mana o kweghị echegharị. Mgbe ọbụla ọ natara ụgwọ ọnwa ya, ya na ezinaụlọ ebido ise okwu. N'aka nke ọzọ, odee kọwara ụmụ ya ndị nwoke abụọ dịka ndị ụbụrụ ha ghe oghe (Ihu 22) ma o nweghị onye n'ime ha ọ zụrụ na kọleji. O nweghịkwa onye n'ime ha ọ zụrụ n'ịzụ ahịa maọbụ n'ịrụ ọrụ aka. Mgbe ọbụla a jụrụ ya ihe kpatara o ji ghara ịzụ ụmụ ya, ọ jụọ onye ahụ 'Onye zụrụ m?' (Ihu 2). Nke a pụtara na ya ji aka ya zụọ onwe ya n'ihi ya, ka ụmụ ya gbawara onwe ha mbọ, jiri aka ha zụọ onwe ha. Nwoke a kwuru na nna ya azụghị ya nke mere ka o jiri aka ya zụọ onwe ya. Odee depụtara ya otu a:

> ...Nna m ọ zụrụ m ma ọ bụladị nke otu ụbọchị? Nna m jụrụ idunye m akwụkwọ ma m kụrụ isi n'ala ịhụ na m gụpụtara ya. Atara m ahụhụ, husie anya. Ọ dịghị ụdị ọrụ m na-arụghị iji nweta ego kwụọ ụgwọ akwụkwọ, zụọ akwụkwọ na uwe. Taa, ọ bụghị m bụ Uchechukwu na-ewu ewu n'ụlọ ọrụ gọọmentị? Ọ ka mma ka a zụkwa ha n'ụzọ a, ha jiri aka ha zụpụchaa onwe ha, mgbe ahụ, ha enwee ezigbo uche, kwụrụ chịm n'onwe ha.

Nke a bụ echiche Uchechukwu ma bụrụkwa otu nsogbu a na-ahụ mgbe e meghịrị nwata ihe e kwesịrị imere ya dịka nwata. Mgbe nwata ji aka ya zụọ onwe ya, ọ ga-enwe ohere ịmụta ihe ndị ahụ o kwesịghị ịmụta. Echiche Uchechukwu a gara n'ihu ịkọwa ya dịka nwoke enweghị uche. N'uche ya, ebe ọ bụ na nna ya azụghị ya n'akwụkwọ, ọ baghị uru na ọ zụrụ ụmụ nke ya. Ọ gbaala mbọ zụpụta ha n'akwụkwọ praịmarị nke isii, ọ tụrụ anya na ha kwesịrị iji aka ha zụọ onwe ha n'ihe ndị fọrọ. O kwetaghị na ọ ga-azụ ụmụ ya ndị nwoke, ọ bụzị nwa ya nwaanyị ka ọ ga-ekweta zụọ? Odee dere na nnukwu mkpọtụ na nghọtahie dapụtara n'etiti ya na nwunye ya mgbe Adaeze, ada ha nwaanyị, ruru ogo ịga akwụkwọ. O kwenyere na onye na-azụ nwata nwaanyị n'ụlọ akwụkwọ na-akwọ aka ọ ga-eji etiri ọkụkọ akị. A ga-esi na nkwenye nwoke a gbasara ịzụ nwa mata ụdị ọrụ na ahụhụ dịịrị nwunye ya. Dịka odee si kwuo, nwunye Uchechukwu bụ onye ume ala, ọ bụkwa nwaanyị na-agbasị mbọ ike. Odee kọwara ya dịka '…ezigbo okwere nke dị kara Ọ bụ eziokwu na di ya na-eme ya ihe mgba anya mmiri, mana

ọ naghị achọ isi n'aka onye ọbụla nata nkwutọ n'ebe di ya nọ' (Ihu 26). A ga-asị na Chineke ma ka ndụ Uchechukwu dị wee were nwaanyị obi ruru ala nye ya. Nwaanyị a ahụla na di ya adịghị njikere ịzụ ezinaụlọ ya, o weghara ọrụ ịzụ ụmụ ya. Odee zipụtara mweghara a otu a;

> Ebe Uchechukwu hapụrụ ịrụ ọrụ dịịrị ya ka ezigbo di na ezigbo nna, Ụzụmma ahapụghị imejupụta ọrụ ndị ahụ n'onwe ya. Dịka nwaanyị gbasiri ike ọrụ, dịkwa uchu n'ịzụ ahịa, o nyeghị ụmụ ya ohere ka ha chewe maka ọnọdụ ha na nna ha. (Ihu 27).

Nke a gosiri na nwaanyị a ghọtara na omume nne na nna na-eme n'ezinaụlọ na-emetụta ụmụ maọbụ nwa ha mụtara. Nwaanyị a maara na ụmụ ya etoruola ịghọta na nna ha anaghị akpaso ha ezigbo agwa. Ọ makwaara na ọ gbachi ha nkịtị, ọ ga-emetụta akparamaagwa ha. N'ihi nke a, o nyeghị ha ohere iche maka agwa nna ha na-akpa. Odee gakwara n'ihu sị;

Uwe, akwa, akpụkpọ ụkwụ na ụmụ ihe ndị ọzọ dị mkpa, o nweghị nke ọ na-ekwe ka ọ kọọ ha. Ego nri di ya na-enye ya anaghị ezu, ma ọ dịghị mgbe ọ na-ekwe ka agụụ nara ya ụmụ ya... o nweghị nwaanyị ibe ya n'ogbe ha ṅere ya ụkwụ n'isi n'ebe ọrụ ubi dị. Ị baa n'ugbo akpụ ya, Ị gaghị ama ebe I siri banye na ebe Ị ga-esi apụ. Ji, ede, ọna, akịdị, ọka na akwụkwọ nri dị icheiche na-abụ asụrụ (ihu 27).

A hụla na nwaanyị a weghara ọrụ a n'uju n'atụghị egwu ọbụla. Ịzụ nwa dịka a kọwara na mbụ, bụ ilekọta nwata anya n'ụdị ọbụla nke bụ inye ya nri, uwe, ebe obibi, ịkpọga ya ụlọ ọgwụ mgbe ọ na-arịa ahụ na inye ya ihe ndị ọzọ ga-enyere ya aka n'obibi ndụ ya. Ihe ndị a ka nwaanyị gbara mbọ ịhụ na ha akọghị ụmụ ya. ọ kwụsịghị n'ikọ nrị n'ụbi, ọ na-azụkwa ahịa. Odee sị;

N'ịzụ ahịa, Ụzụmma so na ndị na-agba ahịa Ugwu ebe a na-aga ebute agwa, egusi, ayabasị na azụ mangala n'akpa n'akpa   N'agbanyeghị na ọ na-agba ahịa, ọ nakwa eghe akara na kpọfụ-kpọfụ. A maara ya amara n'ighe akara nke na-atọgbu ndị mmadụ n'ụtọ.

A ga-ahụ na site n'agbam mbọ Ụzụmma, ụmụ ya nwetara ihe ndị ahụ nna ha enyeghị ha. Ihe ndị ahụ bụkwa ihe ndị ga-enyere ha aka na ndụ. ọ bụrụ na Ụzụmma leghaara ọrụ ịzụ ụmụ ha anya n'ihi na di ya anaghị eweta ego e ji elekọta ezinaụlọ ha anya, ụmụ ha alaa n'iyi. E nwekwara ike ịsị na mweghara Ụzụmma weghaara ọrụ ịzụ ụmụ ya na di ya mụtara bụ iji mezu okwu Akwụkwọ Nsọ kwuru nke sị na nwaanyị bụ onye enyemaka nwoke. Ọ dị mkpa ịmata na ọ bụghị ụmụ nwaanyị niile ga-emenwu ụdị ihe a Ụzụmma mere. Ụzụmma so n'ụmụ nwaanyị atụtụ Mọdarizim kwuru maka ya. Ọ bụ n'ihi ịhụnanya Ụzụmma nwere ebe di na ụmụ ha nọ ka o ji gbaa ụdị mbọ ọ gbara iji zọta ezinaụlọ ya. Ọ kpọghị di ya asị n'agbanyeghị na ọ na-akpaso ya ajọ agwa. O jighị ajọ omume na ekworo kwụghachi di ya ụgwọ agwa ọjọọ ọ kpasoro ya kama o ji ịhụnanya, ntachiobi na ịrụsi ọrụ ike atụtụ mọdarizim kwuru maka ya wee soo di ya.

Ọ bụ eziokwu na ha mụrụ ụmụ atọ mana agụmakwụkwọ nwa ha nwaanyị bụ Adaeze ka dị ya mkpa mana di ya jụrụ ịzụ ya n'ụlọ akwụkwọ. O kwuru na ịzụ nwa nwaanyị n'akwụkwọ bụ ịla ego n'iyi. Ụzụmma amarala na di ya anaghị akwado ịgbanwe obi ya gbasara ịzụ nwa ha nwaanyị n'akwụkwọ. Uchechukwu gara n'ihu sị na ya agaghị azụ nwa ya nwaanyị n'akwụkwọ ihe ọ sọkwara ha mewe. Odee sị;

'...Kobo m agaghị abanye n'ịzụ nwaanyị n'ezinaụlọ a hoo haa. Ụzụmma sị na ya ga-azụ, nke ahụ dị ya n'aka. Akpata a tufụọ, e ji ya aba ọgaranya?'

Nke a bụ iji gosi Ụzụmma nwunye ya na obi siri ya ike na nkwenye ya na ọ gaghị eziga ada ya nwaanyị ụlọ akwụkwọ. N'ihe dị ka afọ ole na ole gara aga, ọtụtụ ụmụ nwoke nwere ụdị nkwenye a. Ha kwenyere na ọ baghị uru iziga ụmụ ha ndị nwaanyị ụlọ akwụkwọ. Kama, ha na-atụnyere ha alo ka ha lụọ di n'ihi na ọ bụ na be di ka nwaanyị nwere oke na ugwu. Ha na-ewere obi ha niile tụkwasị n'ebe ụmụ ha ndị nwoke nọ n'ihi nkwenye ha na ọ bụ ha ga-anọchi anya ha mgbe ha nwụrụ. Mana, ọ dịghịzị otu a ugbu a. Ọtụtụ ụmụ nwoke na-agbasi mbọ ike iziga ụmụ ha ndị nwaanyị ụlọ akwụkwọ karịa ụmụ ha ndị nwoke n'ihi na ha achọpụtala na anya na-eru nwa nwaanyị a zụrụ nke ọma ụlọ karịa nwa nwoke. Ọzọ bụ na ụbọchị na-agbanwe oge ọbụla, n'ihi nke a, ọtụtụ ohere ụmụ nwaanyị enwebughị ike inweta n'oge gboo na-erutezi ụmụ nwaanyị aka oge ugbu a. Odee kpọrọ Ụzụmma 'ezigbo okwere nke di kara' nke gosiri na ọ na-eme ihe ọbụla di ya kwuru. Ma, ugbua, o kweghị nke di ya kwuru. Di ya kwuru na ya agaghị azụ Adaeze n'ụlọ akwụkwọ mana Ụzụmma jụrụ ajụ. Ọ bụghị naanị na ọ jụrụ, ọ kpọkwara ụmụnne di ya ka ha bịa were ntị ha nụrụ ihe nwanne ha nwoke na-ekwu, n'agbanyeghị na o kpebiela n'obi ya na naanị ya ga-azụ nwa ya n'ụlọ akwụkwọ. Nke a gosiri na ọ chọghị ihe ga-ezipụta ya dị ka onye na-enupuru di ya isi. A ga-asịkwa na ụmụ nwaanyị anaghị eji ihe ọbụla gbasara nwa maọbụ ụmụ ha egwu egwu. Ụmụ nwaanyị, ọ kachasị onye naanị ya na-azụ nwa maọbụ ụmụ ya, na-adị njikere ime ihe ọbụla dị mma nke ga-enyere ya aka ịzụ nwa maọbụ ụmụ ya. Oge ọ hụrụ na ya emezuola ihe o kwesịrị ime iji jidere di ọfọ, Ụzụmma wee malite ịzụ nwa ya n'ụlọ akwụkwọ. Odee kọwara Adaeze dịka nwa anya ruru ala, nwata maara akwụkwọ na nwata na-erube isi. O zipụtara ya otu a;

> Adaeze bụ nwa Chi kere n'ụzọ o siri masị ya… uto ya, mma ya, omume na ihe niile gbasara ya pụrụ iche dịka nke ọgbanje…. N'akwụkwọ, Adaeze bụ azụ eru ala. Ụbụrụ ya bụ eso nke na-atụgide ụmụ nnụnụ. Mgbe ọbụla e lechara ule, ọ bụghị na ọ ga-abụ onye nke mbụ, kama ihe ọ ga-eji agafe onye na-eso ya n'azụ ga-adị egwu (Ihu 34)

Odee si ụzọ a zipụta ụdị mmadụ Adaeze bụ iji gosi na ego ọbụla a ga-etinye n'isi ya agaghị ala n'iyi. Ọ dị mma ịrụtụ aka ebe a na nne na nna kwesịrị iwetu anya ala mara ụdị mmadụ ụmụ ha bụ. Ha ga-esitekwa n'ụzọ dị otu a nwee ike ịma ụdị mmadụ ha ga-abụ site n'ileba anya n'ụdị agwa ha na-akpa. N'ezinaụlọ di na nwunye nọ, ha ga-ejikọnwu aka ọnụ chọpụta ụdị mmadụ nwa ha ga-abụ ma gbaziere ya iso ụzọ ka mma iji mee ka onyinye ọbụla nwa ha nwere pụtachaa ihe. N'ezinaụlọ naanị nwaanyị na-azụ nwa, ọ ga-ewe ya ike na amara pụrụ iche ime nke a ọ kachasị ma ọ bụrụ na nwaanyị ahụ mụtara ọtụtụ ụmụ. N'agbanyeghị nke a, ụmụ nwaanyị na-agbalịsi ike chọpụta ụzọ ha ga-esi nye nwa ya ihe ọ chọrọ. Dịka e kwuru na mbụ, Uchechukwu bụ onye aṅụrụma nke mere na ọ naghị anọ na be ya oge o kwesịrị ịnọ dịka di na nna n'ihi nke a ọ maghị ụdị mmadụ ada ya nwaanyị bụ. N'aka nke ọzọ, ụzụmma nwunye ya na-anọ ụmụ ya nso oge ọbụla nke mere na e nwere ike ịsị na nke a nyere ya ohere ịma agwa ụmụ ya nke ọma. O nwere ike ịbụ n'ihi nnọkọ a, nke mọdarizim kpọrọ ezi mmekọrịta, mere o

ji kwụdosie ike na nkwenye ya iziga nwa ha nwaanyị ụlọ akwụkwọ n'ihi na ọ maara na ọ bụ nwata ụbụrụ ya dị nkọ.

Adaeze mechara chie sista, wee bụrụ nnukwu mmadụ n'obodo ha. Ọ rụọrọ nne ya otu nnukwu ụlọ elu, sorokwa na-ewebata ụfọdụ ihe ndị na-enyere obodo aka n'obodo ha. Ọ bụrụ na nna ya ka nọ ndụ, ọ ga-atọkarị ya n'agbanyeghị na ọ zụghị ya n'ụlọ akwụkwọ. Ụzụmma tara ezigbo ahụhụ wee zụọ nwa ya naanị ya. N'agbanyeghị ahụhụ ndị ahụ, ọ bụ ịrụ ọrụ, ezi mmekọrịta, ogologo ntachi obi na ịhụnanya o nwere ebe ezinaụlọ ya nọ mere ka ọ ghara ile onye ọbụla anya mgbe ọ na-ebu ibu ịzụ ụmụ ya. A ga-asị na ọ bụrụ na ụmụ ya ndị nwoke nọ ndụ na o nwere ike ọ gaghị azụnwu ha niile dịka o si emerị na mbụ n'ihi na ọ gbasichaghị ike ka o si gbasie na mbụ, mana n'ihi na ọ bụ naanị otu nwa fọdụzịịrị ya, o lekọtanwuru ya anya, o wee baa uru. Nke a gosikwara na ụmụ ole nwaanyị na-azụ nwa naanị ya mụtara so egosi ogogo ọ ga-azụrunwu ụmụ ahụ ọ mụtara.

**Nchịkọta**

Dịka e kwuorola, ịzụ nwa dịịrị nwoke na nwaanyi mụtara nwa mana mgbe otu onye n'ime ha haara onye nke ọzọ ọrụ ahụ, ọ na-eweta nsogbu. N'agụmagụ niile e lebara anya, a hụrụ ka ụmụ nwaanyị niile nọ na ya si weghara ọrụ ịzụ ụmụ ha naanị ha n'agbanyeghị na ụfọdụ n'ime ha lụrụ di. Ihe pụtakarịchara ihe n'agụmagụ ndị a niile bụ na ọ bụ ụmụ nwaanyị zụrụ ụmụ ha naanị ha. Ọzọ bụ na ọ bụ oke ọchịchọ nke onwe ụmụ nwoke nọ na ndụ tinyere ha n'ịzụ ụmụ ha naanị ha. Nke a wee gosi na oge ụfọdụ ọ naghị abụ ọchịchọ obi ụmụ nwaanyị ịzụ ụmụ ha naanị ha n'ihi nke a, e kwesịghị ka a na-asọ nwaanyị na-azụ nwa ya naanị ya ọnụ, maọbụ kpee ya ikpe, dịka ọ dị na ndụ ụfọdụ nwaanyị mụrụ nwa ma ha alụghị di, kama e kwesịrị iwepụta atụmatụ ga-enyere ụdị ụmụ nwaanyị a aka ime ka ahụhụ ha na-ata belata n'ihi na oge ụfọdụ, ụmụ nwaanyị dị otu a tụụrụ ime site na ndakpo ụmụ nwoke dakporo ha maọbụ site na mgbajọ nwoke gbajọrọ ha. Nke a ga-enyekwa aka belata ajọ akparamagwa ndị ntorobịa si n'ụdị ezinaụlọ a na-akpa n'ihi na inyere nwaanyị aka ga-eme ka ọ zụọ ụmụ ya nke ọma ọ kachasị ma ọ bụrụ na nwaanyị dị otu a mụtara ọtụtụ ụmụ. Ọ bụ ọchịchọ nke onwe ụmụ nwoke ndị nọ n'agụmagụ a nwere buteere ụmụ nwaanyị ndị a ịzụ ụmụ ha naanị ha dịka a hụrụ na ndụ Amaka na na ndụ Ụzụmma.

Nke a kuziri na n'ezie n'agbanyeghị na a na-ahụta ụmụ nwaanyị dịka ndị ike adịghị, ha anaghị eji ịzụ nwa ha egwu egwu n'ihi nke a, ha kwesịrị ka ndị di ha nye ha ezigbo nkwado n'ịrụ ọrụ a ka ha wee nwee ike zụpụta ụmụaka ga-azọpụta obodo ghara ịbụ ndị na-aghasa ya aghasa.

**Alo**

Oge ọbụla di na nwunye gbasara, ọ bụghị naanị ụmụ ha na-ata ahụhụ mgbasa ahụ. Obodo ha bi n'ime ya na-eso ata ahụhụ a. Nke a bụ n'ihi na ụmụaka ha mụtara nwere ike iji ohere ahụ kpafuo. Mgbe nke a mere, ọ bụ obodo ha bi n'ime ya ka ha na-ebu ụzọ emekpa ahụ. N'ihi nke a, a tụrụ alo ka;

- Tupu di na nwunye ekewaa, ma e wepụ ọnwụ, ha cheta na obodo ga-eso taa ahụhụ nkewa ha na-ekewa. N'ihi ya, ọ bụrụ na ha ga-ekpezinwuru onwe ha, ha kpezie n'ihi na otu ezinaụlọ nọ n'udo azọọla obodo n'aka otu nsogbu.

- Tupu nwoke alụọ nwunye, ya buru ụzọ tụlee onwe ya ma ghọta ụdị mmadụ ya onwe ya bụ. Nke a bụ n'ihi na ọ ghọta onwe ya, o wee nwee ike ghọta ụdị nwaanyị ọ ga-adabara ya na ya. Nke a ga-enyekwa aka ibelata ịgba alụkwaghịm ma gbochie nwaanyị ịzụ nwa naanị ya.
- Gọọmentị wepụta atụmatụ ga na-ahụ maka ụmụaka si n'ụdị ezinaụlọ a. O kwesikwara iti iwu ga-eme ka ụmụaka dị otu a gụọ akwụkwọ n'efu ma wepụtakwa ụzọ ọ ga-esi nyere ụmụ nwaanyị ogbenye naanị ha na-azụ ụmụ ha aka iji ịhụ na ha nwetara ihe niile ụmụaka ha na-azụ chọrọ iji wee bie ndụ ha nke ọma.
- E nye nkuzi maka ụmụ nwaanyị ịmụta ụmụ ole ha ga-azụnwu. Nke a dị mkpa iji belata nsogbu nwaanyị ịzụ ọtụtụ ụmụ ma ọ bụrụ na ya na di ya gbasaa, maọbụ na di ya nwụrụ anwụ maọbụ na di ya leghaara ọrụ ilekọta ezinaụlọ ya anya. Ọ ga-enyekwa aka belatara nwaanyị dị otu a ịrịa ọrịa oke mgbakasị ahụ na-ebute. N'ụzọ dị otu a, ụmụaka ịgagharị n'obodo, na-akpa ajọ agwa, ga-ebelata.
- Ka ụmụ nwoke kpachapụ anya n'obibi ndụ ha n'ihi na nwaanyị ịzụ nwa naanị ya na-ebute oke mgbakasị ahụ nke nwere ike iduba onye ahụ n'obi nkolopụ nke a mere na ọ dị mkpa na nwaanyị kpachapụrụ anya n'ihe ọbụla gbasara nwoke

**Edensibịa**


Acholonu, C. (1995). *Motherism: The Afrocentric Alternative to Feminism*. Afa Publications

Akaeze, C., Aboh, C., Eze, A., & Barnabas, A. (2020). 'Ọkpụkpụ agwa n'*Onye Kpaa Nkụ Ahụhụ* na *Amaechina*'. In *Ekwe Jonal* 13(2): 1-9

Alkali, M., Talif, R., Yahya, W. & Jan, J. (2013). 'Dwelling or Duelling in Possibilities: How (Ir)relevant are African Feminisim?'. In *Journal of Language Studies* 13 (3) 244-245

Amato, P. R. (2007) 'Prental divorce and the wellbeing of Children: A meta-Analysis'. In *Psychological Bulletin* 110: 24-46

Ezikeojiaku, P. (2001). 'Themes in the novels of Ubesie'. In Emenanjo, N. (ed.) *Tony Ubesie: The Man and The Artist*. Afrịka – Link book

Gounder, S. (15th July, 2012) Reaserch methodology and research method. www.researchgate.net.

Ifeka O. (2009). *Mkpanaka Asụsụ Igbo Izugbe*. Top shelve publishers

Ikedimma, E. (2011). *Fiịlọsọfị na Ekpemekpe ọdịnala Igbo*. Perfect image Publishers

Ikeokwu, E. S. (2013). 'Communicating Gender Differences through the Paralinguistics mode of Drama as Evidenced in Selected Igbo Plays'. In *Research on Humanities and Social Sciences* 3(11): 38-47

Khadijah, R. na Dahlan, N. (2012). 'Child-Rearing Practices and Socio-economic Status: Possible Implications for Children's Education Outcomes. In *Procedia-Social and Behavioral Sciences* 90 (9) 251-259.

Mberede, I. (2020). 'Literature Towards Security and freedom in a Functional Democracy'. In *Journal of the Literati Philosophia* 6(2):22-31

Nwachukwu, F. (2006). 'Single Parents and Child Development'.National Centre for Vocational Education. No 324

Nwadike, I. (1978). *Adaeze*. Ọnịcha:Pacific

Nwadike, I. (1989). *Onye kpaa nkụ Ahụhụ*. Ọnịcha: Kawuriz na Manilas

Nwadike, I. (1996). 'Igbo Contemporary Drama: Early Beginnings, Biblography and Classification'. In *Nsukka Journal of the Humanities* (9) 3 105 - 115

Nsolibe, O. (2011) *Uju Ụtọasụsụ Igbo*. Perfect image

Ode, R. (2011). 'Women, their Own Worst Enemies: A comparative study of Tess Onwuneme's Go Tell it to Women and The Reign of Wazobia'. In *Creative Artist: A Journal of Theatre and Media Studies* 6(1) 82-103

Otite, O. & Ogionwo, W. (2006).*An Introduction to Sociological Study*. Heinemann

Wajim, J. & Shimfe, H. (2020). 'Single Parenting and its Effects on the Development of Children'.In *The International Journal of Social Sciences and Humanities Intervention* 7 (3) 5891-5902